# MODUUL 1: NDỊ IGBO NA NDỤ HA

## Yunit 1: Olee Ndị Igbo na Naijirịa?

### MMALITE

A bịa n'ala Naijirịa, agbụrụ atọ pụtakarịchara ihe bụ Awụsa, Igbo na Yoruba. Nke ọbụla nwere akụkọala gosịrị ebe ha siri pụta. Ala Igbo nwere ọtụtụ akụkọ etu o si malite. Ka anyị leba anya n'a ndị bụ ndị Igbo'.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ ihe ndị a, ị ga-enwe ike:

(i) Ịkọwapụta ndị bụ ndị Igbo.
(ii) Idepụta akụkọ dị iche iche gbasara etu ndị Igbo si malite.
(iii) Mata ihe mgbakwasị ụkwụ ha jiri kọọ akụkọ ndị a.
(iv) Ịkọwapụta njirimara ndị Igbo.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(i) Ị ga-ebu ụzọ lezuo isiokwu anya dị ka e depụtara ya.

(ii) Ịga-agụkwa ya nke ọma iji nwee ike ghọta ihe isi okwu a pụtara .
(iii) Ugbu a ị ga-ewere nwayọọ n'edereede a ebe ihe nọ n'ime ya dị na nkeji na nkeji.
(iv) Tupu ị hapu otu nkeji were gaa na nke ọzọ, ị ga-agba mbọ hụ na nke ahụ doro gị anya.

### NKỌWA OKWU

Mbịambịa - Nke a pụtara onye bịara abịa

Mmụrụnaala - Onye amụrụ n' obodo

### IHE ỌMỤMỤ

**Ndị bụ ndị Igbo:** Ndị Igbo bụ ndị bi n'Ọwụwa Anyanwụ Naijirịa. 'Ụfọdụ n'ime ha bikwa n' ofesị Naija. Ha nwere asụsụ Igbo dị ka asụsụ nne na nna ha. Ndị Igbo na-agba mbọ pụrụ iche n'ala Najirịa.

Obibi ndị mba ọbụla metụtara ọtụtụ etu ihe siri malite,ụdị ndụ ha na –ebi, ihe ha na-eme, ụdị nri ha na-eri, mmekọrita dị n'etiti mmadụ na ibe ya, etu ha si eche echiche na etu ha si kwụrụ mgbe obibi ndụ mba ọzo na nke ha ruru

### IHE OMUME I

1. Olee ebe ndị Igbo bi na Naijirịa?
2. Zipụta ụzọ ihe abụọ Igbo pụtara.
3. Dee ụzọ ihe anọ obibi ndụ Igbo na-eme na Naijirịa.

## AKỤKỌ DỊ ICHE ICHE GBASARA ETU NDỊ IGBO SI MALITE NA IHE NDỊ HA GBAKWASỊRỊ ỤKWỤ

Nkọwa mmalite ndị Igbo edobeghị anya site n'oge Ọlaudah Eouiano ruo taa. 'Ufọdụ na-asị na ndị Igbo bụ ndị mbịambia ebe ndị ọzọ sịrị na ha bụ ndị amụrụnaala.

Ụfọdụ na-akọwa na ndị Igbo sitere n'agbụrụ Izrel ma ọ bụ Ijipt pụta. Ụfọdu na-akọwa na ndị Igbo malitere ndụ ha n'a agba Osimiri Naija na/Benue.

Ufọdụ kwa na-akọwa na ọ baghị uru ịchọwa ebe ndi Igbo si malite n'ịhị na ha ebiela ebe ha bi taa ihe karịrị puku afọ isii,ihe ndị ha gbakwasịrị ụkwu wee kọọ ya.

Oludah Eọuiano F.C. Ọgbalụ na ndị ọzọ kwuru ndị Igbo bụ Mbịambịa. Ha na-asi na ha bụ agbụrụ Juu yiri. Ịmaatụ: Iji ihe mere na ndụ gụọ aha, ile ọmụgwọ, ibi ugwu na ịgba mbọ.

Ndị okenye ala Igbo enweghị nkwenye na ndị Igbo bụ mbịambịa n' ihi ihe ọkpụ egwụtara n'ebe dị iche dị ka Ukpo na Mpaghara Afikpo, Obukpa na mpaghara Nsụka, Igboukwu na mpaghara Aguata d. g. z. na egosịpụta na ndị Igbo ebiteele aka n'ebe ha bi taa.

Lingwistiki na-akọwa na ndị niile nwere asụsụ a kpọkọtara 'proto-kwa' malitere ndụ ha n'otu ebe nkea na aghọta na ọ bụ na njegba Oshimiri Naija na Benue.

## IHE OMUME II

1. Olee ebe Olaudah Eọuiano na ndị ozo sị na ndị Igbo si?
2. Kọwapụta omenala ndị juu atọ yiri nke Igbo.
3. Zipụta obodo atọ e nwere ihe okpu e gwupụtara n' ala Igbo.

## NJIRIMAA NDỊ IGBO

Chineke kere ihe niile maka mba ọbula nwee ụfọdu ihe ha jiri kwụrụ ma dị iche n'ebe mba ndị ọzọ dị. Otu n'ime ihe ndị abụ ala ebe ha bi. Nke ọzọ dịkwa ezigbo mkpa bụ asụsụ ha, na ere nri ha na ejiji ha na-eji n' ahụ. Ndị Igbo niile nwere otu akparamagwa e jiri mara ha n' ala Naijiria. Ha bụ ndị na-agba mbọ. Omenala na ewumewu dị ka okwukwe, na ofufechi, alụmdi, na ezinaụlọ. Ịgọ ojị na ịwa ọjị bụ omenala dị mkpa n' ala Igbo karịa obodo ndị ọzọ na Naijirịa.

## IHE OMUME III

1. Kedụ akparamagwa zuru ala Igbo ọnụ?
2. Depụta omenala abụọ dị mkpa n'ala Igbo karịa n'ala ndị ọzọ na Naijiria.
3. Kọwapụta ihe abụọ Chineke mere mba ọ bụla iji mee ka ha kwụrụ chịm.

## NCHỊKỌTA

N'ihe ọmụmụ a, anyị lebara anya na ihe ndị a:

(i) Ndi bụ ndị Igbo.
(ii) Akụkọ dị iche iche e jiri mara ndi Igbo.

## NNWALE

1. Kọwapụta ihe kpatara ụfọdụ jiri sị na ndi Igbo bụ mmụrụnaala.
2. Depụta agbụrụ atọ pụtakarịchara ihe n'ala Najiria.
3. Zipụta njirimara ndị Igbo atọ ị mara.
4. Gịnị kpatara ha jiri sị na ndị Igbo si njegba Oshimiri Naija na Benue?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE ỌMỤMỤ A NA NWNWALE Dị NA NGWUCHA AKWUKWỌ A:**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

# Yunit 2: Ala Igbo Na Naijirịa.

## MMALITE

Mba ọ bụla nwere otu obosara ala ebe ha bi na ya. Ndị Igbo bi n' ala Igbo. Ọbịbịa ndị Bekee adịghị ihe o mebiri n' ala Igbo. Ndị Igbo bi site n'ebe mmiri na-ezo hinne wee ruo ebe ọ na-ezo ojetaobie. Anyị ga- eleba anya n'ihe gbasara ala Igbo na Naijirịa.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ ihe ndị a, ị ga-enwe ike:

(i) ịkọwapụta ebe ala Igbo bidoro na njedebe ya.
(ii) ikwu steeti ole dị n'ala Igbo na isi obodo 'ufọdụ nọ n'ime ha.
(iii) izipụta steeti ndị ọzọ e nwere ndị Igbo dị ka Rivas na Delta
(iv) ịkọpụta n'otu aha ibodo ndị ahụ dị na mapụ Igbo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

(i) Gụọ ederede a nke ọma.
(ii) Lebaa anya na maapụ ala Igbo na Naijiria.
(iii) Gbaa mbọ ka ịkpọta aha obodo ndị a dị na maapụ n'otu n'otu.
(iv) Ị ga-eleru nke ọbụla anya na nkeji na nkeji.

## NKỌWA OKWU

## Mpaghara-Nkea pụtara akụkụ

## IHE ỌMỤMỤ

### Ala Igbo na Najirịa

Na Naijirịa mba ọbụla nwere ala ebe ha bi. Ndị Awusa bi n' ala Awusa. Ndị Yoruba bi n'ala Yoruba ebe ndị Ijọ bi na mba mmiri. Ndị Igbo bi n' ala Igbo. Onwuejeogwu (1981) kọwara na Ala Igbo sitere n' Agbọ nke steeti Delta wee gbadaa Ahụada. Diobu na Ụmụabayi dị na mpaghara Port Harcourt. Ọgafekwara Arọchukwu nke dị na steet Abịa ruo Afikpo na Isiagụ nke mpaghara Abakaleke. Ebe ahụ ka o si gbagoo Enugu Ezike nke mpaghara Nsụka ma gafekwa Ebu nke ala Igbo ofesi Naija. Ala Igbo sikwa n'Itumbaụzọ n' Akwa Ibom ruo Enugu Ezike na steeti Enugu.

Nnukwu ihe jikọtara ndị Igbo dị ka otu agbụrụ bụ na ha bikọtara n'otu ebe a maara dị ka ala Igbo. Nke a ka Onwuejeogwu kpọrọ: 'Igbo Culture Area'.

Ihe ọzọ jikọtara ala Igbo ọnụ bụ omenala na asụsụ.

## IHE OMUME 1

1. Olee otu njirimara mba ọ bụla na Naigirịa?

2. Kedụ steeti Diobu dị na ya?
3. Kedụ steeti Enugu Ezike di na ya?

**STEETI OLE DỊ N'ALA IGBO, ISI OBODO HA NAKWA OBODO ỤFỌDU DỊ N'IME HA.**

Abia n'ala Igbo e nwere Steeti Ise. Ha bụ Abia, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo. Ọ bụ eziokwu na mpaghara ụfodụ na Delta, na Rivas bụ ndị Igbo mana ụfọdụ n'ime ndị Steeti a abụghị ndị Igbo.

**ISI OBODO STEETI NDỊ A:**

1. Steeti Abịa – isi obodo ya bụ Ụmụahia.
2. Steeti Anambra – isi obodo ya bụ Awka.
3. Steeti Enugu – isi obodo ya bụ Enugu
4. Steeti Ebonyi – isi obodo ya bụ Abakaliki
5. Steeti Imo – isi obodo ya bụ Owerri.

Abịa na Steeti Anambara e nwere ọtụtụ obodo nke ụfọdụ n' ime ha dị na mapụ ala Igbo. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndịa: Awka, Amaọbịa, Ụmụnze, Ekwuluobia, Otuocha, Nri, Onitsha, Umudioka, Igboukwu, Nnewi na Ogbonike. 'Ufọdụ obodo dị na Steeti Imo bu ndị a: Owerri, Mbano, Orlu, Okigwe, Mgbidi, Oguta, Ikeduru, Mbaise na Akọkwa.

E nwekwara ọtụtụ obodo na Steeti Enugu, 'Ufọdụ n'ime ha bụ ndị a: Enugu, Udi, Nsuka, Achi, Oji Riva, Awgu, Ezeagu na Nkannu.

Ụfodụ obodo dị na Steeti Abịa bu ndị a: Umuahia, Aba, Uturu, Ohafia, Abiriba, Mbosi, Abam na Ozuitem, Abiakwa na Steeti Ebonyi enwere ọtụtụ obodo na ụfọdụ n'ime ha bụ ndịa: Abakaliki, Ada, Ohaozara, Afkpo, Ikwo, Ezza na Izii.


## IHE OMUME NKE II

1. Depụta obodo ise dị na Steeti Anambra
2. Ohaozara dị na Steeti nke ole…….........
3. Kpọputa obodo ise dị na Steeti Imo.
4. Dee obodo atọ dị na Steeti Ebonyi.

A chọputara na e nwere ndị Igbo ụfodụ nọ na Rivas na Delta

Abịa na Steeti Rivas e nwere ndị Ikwere. Diobu, Elele, Ahoada, na Umuanayi.

**NDỊ IGBO NA NDỊ AGBATAOBI HA**




Ndị Igbo na Delta bụ ndị a Asaba, Ibụzo, Ọnicha Ugbo, Ọgwashịukwu Ụmụnede na Iselechukwu.

## IHE ỌMỤMỤ III

1. Depụta Steeti abụọ abughị naanị ndị Igbo mebere ha.
2. Kedụ na Steeti ibụzọ dị?
3. Ụdị dị na Steeti…….. ......

Na mmapụ ndị Igbo na ndị agbataobi ha, anyị ga-ahụ ebe Steeti Anambra, na Imo, Enugu, Ebonyi na Abịa dị. Obodo ụfodụ na Steeti ndị a dịkwa na eserese a.

## IHE OMUME IV

Lee anya n’eserese a ma depụta obodo niile dị na mapụ Igbo. Onye nkụzi ga- enyere gị aka n’ ịza ajụjụ ndịa.

## NCHỊKỌTA

Anyị lebara anya n'ihe ndị a. Ebe ala Igbo bidoro na njeedebe ya.

Steeti ole dị n'ala ịgbo na isi obodo ha?

Obodo 'ufọdu dịkwa na Steeti ndị a.

Steeti abụọ ndị ọzọ abụghị naanị Igbo mebere ya.

A kpọpụtara 'ufọdụ obodo n'ime Steeti abụọ ndị a.

Kpọpụta obodo ndị dị n'ime maapụ a.

## NNWALE

(a) Olee ụzọ ihe abụọ jikọtara ala Igbo?
(b) Depụta obodo anọ bụ ala Igbo na Steeti Delta.
(c) Ala Igbo sitere n' Enugu Ezike na Steeti Enugu ruo na .......................
(d) Depụta Steeti ise e nwere n'a ala Igbo.
(e) Isiagụ dị na mpaghara………………......................................
(f) Elele dị na mpaghara..........................................................
(g) .................................... bụ Isi obodo Steeti Ebonyi

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A**

## EDENSIBỊA:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

## Yunit 3: Agbataobi Ndị Igbo na Naijirịa

### MMALITE

**A**la Igbo nwere ala ebe obibi nke Chineke nyere ha site na mbido Uwa. N'ala obibi ha nwerekwara ọtụtụ obodo ghara ha gburu gburu site n'ugwu ruo n'ọdịda anyanwụ. Anyị ga-atụle ndị Igbo na ndị agbataobi ha ebe a.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ ihe a; ị g-enwe ike:

(i) ịkọwapụta ndị bụ agbataobi ndị Igbo n'ugwu,

(ii) ịdepụta agbataobi ndị Igbo n'ọdida anyanwụ,

(iii) ịkọwapụta agbataobi ndị Igbo n'ọwụwa anyanwụ,

(iv) igosipụta ihe 'ufọdu ndị Igbo mụtara site na mmekọrịta ha na ndị agbataobi ha.

### USORO IHE ỌMUMỤ YUNIT A

(i) Ị ga-agụ isiokwu ya nke ọma iji ghọta ihe ọ pụtara.

(ii) Ị ga-eleba anya na mapụ Igbo.

(iii) Ị ga-ewere ya na nkjie na nkeji leba ya anya nke ọma.

(iv) Ị ga-akpọpụta agbataobi ndị Igbo n'otu n'otu.

(v) Tupu Ị ga-esi n'otu nkeji ga na nke ọzọ ị ga-akpachapụ anya nke ọma.

### NKỌWA OKWU

O nwere okwu ndị ị ghotaghị, depụta ha ebe a ma were ọkọwa okwu chọta ihe ha pụtara.

### IHE ỌMỤMỤ

A gbụrụ dị iche iche na Naijiria gbara ndị Igbo gburugburu, Ndị Igbo nwere ọtụtụ agbataobi site n'ugwu ruo na ndịda na sitekwa n'ọwụwa anyanwụ ruo n'ọdịda ya. Na mgbago ugwu agbatobi ndị Igbo bụ ndị Ukele, ndị Idoma, ndị Ekajuk na ndị Tivi. N'ezie, ụfọdụ ndi Igbo bi n'elu Nsụka dị ka n' Enugu Ezike na ndị Idoma na-emekọrịta ụfọdụ ihe. Ha na-alụkọrịta dị na nwụnye. Ndị Aguleri na ndị Igala gbara agbataobi. Abịa na ndịda ala Igbo, anyị ga- ahụ ndị Ijọ ma ndị Abọ na ndị Ogoni bụ ndị agbataobi ndị Igbo.

### IHE OMUME 1

1. Depụta obodo atọ ndị bụ agbataobi ndị Igbo site n'ụgwu.

2. Kedụ obodo ha na ndị Enugu-Ezike gbara agbataobi?
3. Kedụ obodo ha na ndị Aguleri gbara agbataobi?

## ỌWỤWA ANYANWỤ RUO N'ODỊDA ANYANWỤ

N' Ọwụwa anyanwụ ala Igbo ndị Igbo nwere ọtụtụ ndị agbataobi dị ka ndị Ibibio, ndị Efik, dị ka ndị agbataobi ndị Ngwa na ndị Umuahia. Ndị Arọkwukwu nwere ndi Ibibio, ndị Ejagham na ndị Yako ka agbataobi ha. Ndị Ehugbo Abịa nwere ndị Mbembe na ndị Ekumuru ka ndị agbataobi ha.

N'odIda anyanwụ ala Igbo, enwere ọtụtụ ndị bụ ndị agbataobi Igbo. E nwere ndi Ịduu ma ọ bụ Edo. Ndịa bu ndị agbataobi ndị Ika. Enwerekwara ndị agbataobi ndị Ukwuani bi nso na Kwale na ndị Osimili bi n' Aboh.

## IHE ỌMỤMỤ II

1. Depụta agbataobi ndị Ngwa abụọ ị maara.
2. Arọchukwu nwere ndị ____________________ na ndị agataobi ha.
3. Mbembe bu Agbataobi ndị ________________.

### MEKỌRỊTA NDỊ IGBO NA NDỊ AGBATAOBI HA METỤTARA OMENALA, USORO ỌCHỊCHỊ NA USORO ACHỤMỤNTA AKỤNAỤBA

Ndị Ịgala na ndị Edo ka ha na Igbo kara nwee mmekọrita n'oge gboo site n'akụkọ ndị Ichie.

Anyị leba anya na ndụ ndi mpaghara Nsụka, ndị ha na Igala gbara agbataobi, a ga-ahu na ọtụtụ n'ime ha na-egbu egbugbu dị ka ndị Igala. Mpaghara Enugu-Ezike ndị Igbo na ndị Igala na azụrita otu ahịa, na asụritakwa ma Igbo ma Igala.Ndi Igbo mpaghara Nsụka nwere usoro ọchịchị ndị Igala nke Attah bu eze ha. Omenaala Igbo ofesi Naija yikwara nke Edo di ka usoro Ochịchị na aha ana enye eze aka n'ọchịchị dị ka a Iyase, Ozoma. Ndị Igbo bitere okwu a bụ Onukwu n'aka ndị Igala. Ekpo siri n'aka ndị Ibibio bata n'ala Igbo. Nke a yitere mmọnwụ ndị Igbo.

## IHE ỌMỤMỤ III

1. Kọwapụta ihe ndị Igbo mụtara n'aka ndị Edo ha na ha na-emeko.
2. Kedu okwu ndị Igbo bitere n'aka ndị Igala?
3. Depụta otu omenala ndị Ibibio ndị Igbo nabatara.

Elebaa anya na maapụ ndị Igbo na angbataobi ha, a ga-ahụ dị ka agbataobi ndị Igbo n'ime ya . a ga-ahụ ma ndị dị n' ugwu wee ruo odịda anyanwụ

## NCHỊKỌTA

(i) Agbataobi ndị Igbo site n'ugwu ruo ndịda.

(ii) Agbataobi ndị Igbo site n'ọwụwa anyanwụ ruo ọdida anyanwụ.

(iii) Ịkọpụta obodo niile ahụ bụ agbataobi ndị Igbo na mapụ Igbo na agbataobi ya.

(iv) Uzọ ihe atọ metụtara mmekọrịta ndị Igbo na agbataobi ya. Ịmaatụ:

(v) Omenaala, usoro ọchịchị, na achụmnta akụnaụba.

## NNWALE

(a) Agbataobi ndị Igbo sitere n' ______________ were ruo___________ sitekwa na _____________ ruo ____________anyanwụ.

Depụta obodo abụọ bụ agbataobi ndị Igbo site n'ọwụwa anyanwụ?

(b) Kọwapụta obodo abụọ bụ agbataobi ndị Igbo.
(c) Olee ihe ndị si n'aka ndị Ibibio were bata n'ala Igbo?
(d) Efik dị n'________________________ anywanwụ.
(e) Mekọrịta ndị Igbo na ndị agbataobi ha metụtara ụzọ ihe atọ Depụta ihe atọ ahụ.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DI NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

## Yunit 4: Ejije Ndị Igbo

### MMALITE

Ejiji bụ otu njirimara mba ọ bụla. Agbụrụ ọ bụla nwere ụzo ndị iche iche ha si eke ekike. Etu mmadụ siri jie ejiji ga-enye aka ịchọpụta agụrụ onye ahụ sị , ọ bụ eziokwu na ọtụtụ na –eyizi ihe masiri ha. Anyị ga-eleba anya n'ihe gbasara ihe ndị a.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ ihe a, ị ga-enwe ike:

(a) ịkọwapụta ihe ejiji pụtara?
(b) ịdepụta etu nwoke na nwaanyị si eji ejiji n'ala Igbo n'oge ochie na nke ọgbara ọhụụ.
(c) ịgosịputa etu ndị chiri echichi na ndị ekpemekpe ọdịnaala si eji ejiji.
(d) ịzipụta ejiji ndị na-agba mkpe.

### USORO IHE ỌMỤMỤ

(a) Ị ga-agụ ya nke ọma, iji nwee ike ghọta ihe Isiokwu a pụtara.
(b) Ị ga-eleba anya na nkeji na nkeji iji ghọta ya nke ọma.
(c) Ị ga-agba mbọ hụna ị ghọtara otu nke ji tupu ị baa n'ọzọ.
(d) I mechaa ị ga-aza ajụjụ so ya n'azụ.

### NKỌWA OKWU

1. 'Jigịda' bụ ihe ụmụ agbọghọ na-eyi n'ukwu,
2. 'Ntanta mma': Ọ bụ obere mma

### IHE ỌMỤMỤ

Ejjiji Ndị Igbo

Ejiji bụ ihe nille a na-eyi n' ahụ kpuchie ọtọ ma dịkwa ọgọ n' anya. Ejiji nwere ike ịdị n'udị akwa, ihe ọnyịnya na akpụkpọụkwu. Na ala Igbo mpaghara dị iche iche nwere ejiji eji mara ha. Etu ndị steeti Imo si eke ekike dị iche n'etu ndị Anambra si eji.

Ekike ndị chiri echichi dị kwa iche na nke ndi echighị echichi. Nwaanyị di ya nwụrụ ma o bụ nwoke nwunye ya nwụrụ, nwere ụdị uwe ha na- eyi. Onye ọ bula onye nke ya nwụkwara nwere ụdi uwe ọ na eyi. Ufọdụ ejiji na esitekwaa n' okpukperechi mmadụ nọ n'ime ya.

### IHE ỌMỤMỤ 1

(a) Kọwaa ihe ejiji pụtara.
(b) Depụta ụzo ihe atọ e nwere ike iji kee ekike n'ala Igbo.
(c) Depụta ihe abụọ kpatara e ji eyi akwa.

## MGBE OCHIE

N'oge ochie, ụmụaka ndị nwoke na ụmụaka ndị nwaanyị na-agba ọtọ agagharị. Ihe Ọjọọ adịghị etu ọ dị taa mgbe ahụ. Ụmụokorobia ga-ebu ụzọ bido yiwe abante. Tupu nwaokorobịa awaba akwa, a ga-eme emume pụrụ iche iji tinye ya n'otu ndị rugoro ogo ihe e ji mmadụ eme. A na-akpọ nke ahụ ịwa-akwa. N'oge ahụ, nwa agbọghọ toruru ogo ịlụ dị, ọ ga-ebido yiwe jigida n'ụkwụ. Ha na-ede uri, tee uhie na nkasiala. Ụmụ nwaanyị lụrụ di na-ama akwa n'ụkwu. Ha anaịghi eyi efe elu.

Ọbịbịa ndị ọcha wetere mgbanwe pụrụ iche iche n'ejiji ndị Igbo. Ụgbu a, ụmụaka ndị nwoke na-eyi efe obi na uwe ọkpa ogologo na uwe ọkpa mkpirisi. Ụmụaka nwaanyị na-eyi efe nruala. Ụmụ nwaanyị na-eyi efe ma ọ bụ uwe ukwu na uwe obi. Ọbụkwa otu ihe ahụ ka ụmụagbọghọ na eyikwa.

Ụmụ nwaayị nọ na di ugbu a, na-ama akwa ọmụma na ntụkwasị. Ha na-eke isiowu na-afụrụkwa ịchafu isi. Ha na-eyi akpụkpọụkwụ. Ekike ụmụ nwoke lụrụ nwaanyị: A bịa n'Aguata, ụmụnwoke na-eyi uwe ọkpa ogologo ma yịkwasị ya uweobi. Ndị Ọhafịa na ndị Ịtem na-ama otu ukwu akwa jọọjị ma yikwasị ya uwe isiagụ. Ha na-ekpu okpu isiagụ. Ha na-ejikwa akpụkpọkwụ.

**IHE OMUME II**

(i) Depụta ụzọ ihe atọ ụmuagbọghọ ji eke ekike n'oge gboo.

(ii) Kedụ oge nwoke ji ebido ịwa akwa?

(iii) Kedụ ka ndị okenye ụfọdụ n'Aguata si eji ejiji?

(iv) Olee etu ụmụnwoke ndị Item si eke ekike?

**ETU NDỊ CHIRI ECHICHI NA NDỊ EKPEMEKPE ỌDINAALA SI EKE EKIKE**

A bịa n'ala Igbo enwere ụdị echiche dị iche iche dị ka, ọzọ, eze, lọọlọ. Ụmụnwoke chiri ọzọ na-ama otu ukwu akwa, bia yikwasị ya uwe isiagụ, kpuru okpu mmee mmee toro ogologo, tinye ya otu ugbene n'elu okpu ahu ma gbanyekwa eriri ụkwụ ha. Ndị ọzọ niile bụ ndị nze mana ọ bụghị ndị nze niile bụ ndị ọzọ.

Ejiji ndị chiri ọzọ nze bụ otu ma e wepụ okpu mmeemmee nke ogologo ndị chiri ọzọ na-ekpu.

Ndị ichie na-ama otu ukwu akwa jọọjị ma yikwasị uwe isiagụ n'elu ya. Ha na-anya akpa n'olu ma jirikwa akụpe n'aka ha ji a nara ekele. N'ala Igbo, ndị eze na ama akwa jọọjị ma ọ bụ uwe dị oke ọnụ ma yikwasị ya uwe nwụda dịkwa oke ọnụ. Ha na-agba ọla, nyanye aka n'olu ma buru obere ọdụ enyị n'aka. Ha na-akpa akụpe n'aka iji nara ekele. Ha na-ekpu nnukwu okpu ma tunye ya abụba ugo.

Ndị lọọlọ na-ama akwa Akwuete abụọ. Ha anaghị eyi uwe obi. Ha na-akwụ iyeri, nyanye aka n'olu, gbanye ọdụaka ma bụkwara ọdụ enyị n'aka.

Ndị ekpemekpe ọdịnaala nwekwara ka ha si eke ekike. A bịa n’Otuọcha, Aguleri ụmụ nwaoke na-agọ mmụọ na eyi uwe ọkpa ogologo ọcha na uwe nwụda ọcha. Ha na-ekpukwa okpu ocha. Ụmụnwaanyị na eyikwa uwe nwụda ọcha . N’Aguta, ndị Isi ọgọ mmụọ na manye mpe akwa n’ukwu , kpa nzu n’anya ma jidekwa ya n’aka mgbe ha na-aga n’ihu arụsị.

**IHE OMUME III**

(i) Depụta ụdị echichi atọ mmadụ nwere ike ichi n’ala Igbo.

(ii) Olee ihe ndị eze ji anara ekele?

(iii) Kọwapụta ụzọ ihe atọ onye lọọlọ kwesịrị iyi n’ahu.

(iv) Depụta aha obodo abụọ ebe ụmụnwoke na ndị nwaanyị na eyi akwa ọcha were agọ mmụọ.

**EJIJI NDỊ NA-AGBA MKPE**

N’ala Igbo, nwaanyị di ya nwụrụ ka a na-akpọ ajadu. Na mgbe ochie, nwaanyị di ya nwụrụ, a ga-adọkapụ ya ihe olu ya, supu ya ịchafu isi ya tọsaa ya ọmarịcha isi ahụ o kere eke, napụkwa ya ihe ịchọ mma ọbụla nke dị n’ahụ ya. N’oge gboo n’ebe ụfodụ n’ala Igbo nwaanyị na-akwa ajadu na-anọ n’ọnọdụ ndị a ruo afọ abụọ mana ugbu a ụka enyela aka gbubisịa ihe dum, wedata ya n’ọnwa isii. Mgbe e lisiri di nwaanyị, ụmụọkpụ na-akpụcha nwaanyị ahu ntutu isi ya, gaa kpofuo n’ajọ ọhia. Nwaanyị ahụ ga-ebido mba akwa ọmụma na ntụkwasị gaa akwa ojii ma yikwasị uwe obi ojii na iyeri ntị ojii. Ọnọdụ ya ga-abụ n’ute. Ha ga akpa ya ntakịrị mma n’aka. Ntakịrị mma ahụ ọ na-akpa n’aka bụ iji gosi na ya nọ n’uju. Ọ ga-ano izu asaa. Ọ gaghị asa ahụ.

Nwoke nwunye ya nwụrụ ga-akpụ isi. Ọ ga-eyikwa uwe nwụda ojii. Onye nne ma ọ bu nna ya nwụrụ ga-akpụ isi ma yikwasi akwa ojii.

Ọbịbịa ndị ụka agbanweela ọtụtụ omenala ndị a. Ụfodụ ụmụ nwaanyi na-ama akwa ọmụma na ntụkwasị, yiri iyeri ntị ọcha ma nyakwa ihe olu ọcha were kwaa di ha. Ụfọdụ ekwenyeghị n’ihi iyi akwa uju.

## IHE OMUME IV

(i) Kọwapụta ụzọ ihe atọ ụmụ nwaanyị ọgbara ọhụụ ji akwa di ha.

(ii) Gosịpụta ụzọ ihe atọ a na –ebu ụzọ eyipụta n’ahụ nwaanyị di ya nwụrụ

mgbe ochie.

(iii) Olee etu esi ama nwaanyi di ya nwụrụ n’oge gboo?

**NCHỊKỌTA**

**Anyị lebara anya**

(i) Ihe ejiji pụtara.

(ii) Ejiji ndị ụmụnwoke na ndi nwaanyị.

(iii) Ụzọ dị iche ndị chiri echichi na ndị ekpemepke ọdịnaala si eji ejiji.

(iv) Ejiji ndị na-agba mkpe.

**NWALE**

(i) Olee ihe ntakịrị mma nwaanyị ajadu na –akpa n'aka na-egosịpụta?

(ii) Depụta ụzọ ihe atọ nwaanyị ajadu na eyi n'ahu n'oge gboo.

(iii) Kedụ okpu ndị chiri ọzọ na ekpu?

(v) Kọwapụta ụzo ihe atọ ndị ichie ji eke ekike.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

# Yuniti 5: Ekele Ndị Igbo

## MMALITE

Naijiria bụ obodo nwere ọtụtụ agbụrụ. Agbụrụ ọ bụla nwere ọdinala na ewumewu nke ya. Ndị Igbo bụ otu agbụrụ nwere ezigbo omenaala. Otu ụzọ ndị Igbo na ibe ha si enwe mmekorịta bụ site n'ekele. Nke a mere o ji dị mkpa ikuzi ya ka a mara etu ndị Igbo na ndị ozo ga-esi emekorita.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ ihe a, ị ga enwe ike:

(a) ịkọwa ihe ekele na-egosịpụta,
(b) ịkọwapụta ụdị ekele dị iche iche na oge e ji ekele ha,
(c) etu e si ekele ekele,
(d) Uru dị n'ekele na ọghọm dị n'ekeleghị ekele.

## USORO IHE ỌMỤMỤ YUNIT A:

(a) Ị ga-agba mbọ gụọ ederede a nke ọma iji nwee ike ghọta isiokwu a
(b) Ị ga-ebido na-amụ ya na nkeji na nkeji.
(c) Ọ dị nke na-edoghị gị anya, Lọghachị na ya.
(d) Ị ga-akpọpụta ekele ndị a n'otu n'otu.
(e) Ị mechaa ị zaa ajụjụ so ya.

## NKỌWA OKWU

Depụta okwu ọ bụla ị maghị ebe a, ma jekwuru onye nkuzi gi maka nkọwa ya.

____________________________________________________________

____________________________________________________________

____________________________________________________________

____________________________________________________________

## IHE ỌMỤMỤ

### Ihe ekele na-egosịpụta

Ekele bụ ụzọ e si egọsịpụta ịhunanya, nsọpụrụ na ikwanyere onye ka mmadụ ugwu. Ekele bụ otu agwaa na –atụ anya n'ebe ezi onye Igbo ọbula nọ. A na-amalite oge nwata dị obere wee kụzibere ya ụdị ekele dị iche iche ana-ekele na mgbe dị iche iche n'ala Igbo. Ndị Igbo bụ ndị nwere ọbi ọma n'ebe mmadụ ibe ha nọ. Ha na-egosị nke a site n'ikele ibe ha. Ejikwa ya egosị ihu ọma mmasị na ịnabata mmadụ. Ọ bụrụ na mmadụ

wọọ ibe ya ekele, ọ na –egosị na ọ nwere ihe o buru ya n'obi. Mmadụ abụọ hụru onwe ha na-ekwekorịtaghị ekele, gosịrị na ha adịghi na mma.

## IHE OMUME I

(a) Kọwapụta ụzọ ihe atọ ekele na-egọsịpụta.
(b) Kedụ agwa a na-atụ anya n'ebe ezi onye Igbo nọ?.
(c) Olee ihe ekwekọrịtaghị ekele na-ezipụta?

**EKELE DỊ ICHE ICHE NA OGE EJI EKELE HA. NDỊ IGBO NWERE EKELE DỊ ICHE ICHE HA NA-EKWE N'OGE DỊKWA ICHE ICHE.**

## EKELE ỤTỤTỤ

Ndị Igbo sịrị na ekele ụtụtụ amaghị onye iwe ji. Nke a gọsịrị na ekele ụtụtụ dị oke mkpa na onye ọ bụla ga –agba mbọ kelee onye nke ọzọ ka ha kwekọrita ekele. Ọtụtụ oge ọ na-abụ onye nke nta na-ebu ụzọ kelee onye ka bụrụ okenye. Ọbụrụ na mmadụ apụta ụra kelee ibe ya ma ọ zaghachịghị, iwe ga-ewe onye ahụ n'ihi na ọ na-abụ ịkpọ mmadụ ihu ọjọọ n'ụtụtụ.

N'ezinaụlọ, ọ bụ ọrụ nwaanyị ịkeke di ya mgbe o tetere ụra. Ọ bụ ọrụ dịrị ụmụaka ikele nne na nna ha na ndị okenye ha. Ekele ụtụtụ n'ala Igbo bụ: 'Ị pụtala ụra'; Ị saala chi, 'Ịbọọlachi'. Obodo ụfọdụ nwekwara ụzọ ha si ekele ekele. Mbaise na-ekele 'Ịteela, ndị Owere 'Ịbọọla chi' Abiriba na Ọhafia na –ekele'kaa' n'abalị, ekele a tụrụ anya n'ebe onye Igbo ọ bụla nọ bụ 'Ka chi foo'. rahụ nke ọma

## IHE OMUMU II

(i) Kedụ ihe kpatara ekele ụtụtụ ji dị mkpa na ndụ ndị Igbo?

(ii) Olee ihe nwatakịrị hụrụ okenye n'isi ụtụtụ Kwesịrị ime?

(iii) Kedụ ka ndị Mbaise si ekele n' ụtụtụ?

### EKELE ONYE IJE

Onye bịara ụlọ mmadu oge abali na-ala, ma ọbụ onye hụru ibe ya n'oge abali nwere ekele pụrụ iche oga-ekele ya. O nwere ike ị sị 'ka chi foo' Ọ zaghachi 'Ka ọ bọọ'

### EKELE ỤZỌ

N'ala Igbo, ọ bụ omenala na mmadụ ga-ekele onye o zuru n'ụzọ. Ekele ndị a na-ekwe n'ụzọ nwere ike bụrụ 'daalu', 'nooo' , 'deeje'm'kedụ 'olee etu ụlọ dị? Kedụ maka ụmụaka? Onye ekeere na-azaghachị. Ọ bụkwa na'uzọ ka a na-ajụkarI ase.

### EKELE A NA-EKELE MA E NYE MADỤ IHE

'Anwụla', 'A nwụchula', 'Imeela', ma ọ bụ Ndeewo ma ọ bụ Daalu.

**EKELE NDỊ ỌRỤ**

Onye hụrụ onye na arụ ụdị ọrụ ọ bụla ga-ekele ya jisie ike, daalụ, deeme, ma ọ bụ dike ọrụ'.

Ekele ọgbo (Ebiri) Ndị dị n'ọgbọ ma ọ bụ otu na-enwe ụzọ ha na-eji ekele onwe ha ekele.

Ụfọdụ nwere ike nweekwa ọtụtụ aha a na-etu ha n'ọtu ha dị ka: 'Ogbụagu', 'Ekwueme', 'ọkaaomee' Ọbyịrịmba ma ọ bụ Dike. Ụfọdụ otu echichi n'onwe ha na-enwe ụzọ pụrụ iche ha na-eji anakọrịta onwe ha aka dị ka ndị bụ eze ọkọnkọ, ezeji na ndị chiri ọzọ.

Ibi ọma na ikwe n'aka bụcha ụzọ ndị Igbo si na-ekele ekele. Ha na-eme nkea site na 'ịjụ ụlọ na ikwu na ibe. Otu ọzọ e si ekele ekele bụ ibi ọma, ọ bụrụ na mmadụ ahu enyi ya, nwanne ya ma ọ bụ onye ọma ya ọ bụla o nwere ike kelee ya site n'ibi ya ọma. Ikwe n'aka bụ ụzọ ọzọ ndi Igbo si na-ekele ekele. Ọ bụ okenye wepụta aka nwata ekwe ya .

**EKELE IRU UJU**

Ndị Igbo bụ ndị hụrụ ibe ha n'anya. Ha na-egosịkwa nke a site n'isoro ibe ha eru uju mgbe ihe ọjọọ dị ka mmerụ ahụ, nsogbu ma ọ bụ ọnwu rutere onye nke ha. Ihe a na – ekele onye ihe dị etula bịara bụ 'ndoo', 'tasie', nwee ndidi, jisie ike, ma ọ bụ jisie obi ike, onye ahụ nwere ike zaghachi sị 'ndeewo (ma ọ bụ 'daalụ),

## IHE OMUME III

(i) Dee ekele onye ọrịa abụọ ị maara.

(ii) Kọwapụta ụdị ekele atọ Ị nwere ike ikele onye ọrụ.

(iii) Depụta aha otuto atọ Ị mara.

**ETU E SI EKELE EKELE**

Ekele dị mkpa na ndụ ndị Igbo mana etu e si ekelee mmadụ ekele ka dị mkpa Igbo anaghị esekpuru ala dị ka agbụrụ ndị ọzọ mana ihụ onye na-ekele mmadụ ga-egosịpụta obi aṅurị na obi ọcha site n'ịmụ amụ na ile anya ga-egosị nkwaanye ugwu.

**URU DỊ N'EKELE NA ỌGHỌM DỊ N'EKELEGHỊ EKELE**

(i) Ọ na-eme ka ihu saa mmadụ na ibe ya.

(ii) Ọ na-egosịpụta onye bụ ezi nwata.

(iii) Ọ na-egosị ịhunanya.

### ỌGHỌM DỊ N'EKELEGHỊ EKELE

(i) Ọ na-ebute mmadụ enwteghị ihe o kwesịrị inweta

(ii) Ọ na-ebute nkọcha n'aka ndị mmadụ.

(iii) Ọ na-ebuta mkpọrọmaasị

## IHE OMUME IV

(i) Kedụ etu ihu onye na-ekele ekele kwesịrị ịdị?

(ii) Olee ihe dị mkpa n'ikele ekele?

(iii) Depụta otu uru ikele ekele bara?

(iv) Kedu uru ekele bara na ọghọm dị n'ekeleghị ekele.

**NNWALE**

(i) Kedụ mgbe e ji ebido ikuziri nwatakịrị etu e si ekele ekele?

(ii) Kọwapụta ụdị ekele abụọ ị nwere ike ikele mmadụ n'abalị

(iii) Kọwapụta ụdị ekele abụọ ị nwere ike ikele mmadụ n'ụtụtụ.

(iv) Depụta ụzọ dị iche iche obodo ndị a si ekele ekele ụtụtụ: Owere, Ọhafịa, na Abịrịba.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWUCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

# Yunit 6: Akparamagwa Ndị Igbo: Ịgba Mbọ Na Ileta Ndị Ọbịa

## MMALITE

Ndị Igbo niile nwere otu akparamagwa e ji mara ha n'ala Naijirịa. Ha bụ ndị na-agbalịsị ike n'ihe ọma ọbula ha na-eme n'ihi na ha kwenyere na ngana tọọ ute, agụu ekpughee ya. N' otu aka ahụ, ha bụkwa ndị na-elete obịa nke ọma n'ihi nkwenye ha na echi dị ime. Ọ dịghị onye ma ihe ọ ga-amụ. Ka anyị leba anya 'etu ndị Igbo si agba mbọ na etu ha si eleta ndị ọbia.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

(a) Kọwapụta ụzọ dị iche iche ndị Igbo si agba mbọ,
(b) Kọwapụta uru dị na ya,
(c) Depụta ọnodụ ọbịa n'etiti ndị Igbo,
(d) Kwupụta ụzọ ndị Igbo si eleta ọbia.

## USORO ỌMỤMỤ YUNITA

(a) Buru ụzọ lezuo ederede a anya ma gụọ ya na nkeji na nkeji
(b) Zaa ajụjụ so nkeji ọ bụla tupu I gaa n'ụzọ
(c) Lee anya n'azịza e nyere iji mata eti i siri metadebe.

## NKỌWA OKWU

Ịkpa akụ- ịzụ ụmụ anụmanụ dị iche iche dị ka ewu, ehi, ọkụkọ, atụrụ

Mbịambịa – Onye si ezi bịa

Asambo – Akwụkwọ nzere a na-enweta ma a gụchaa akwụkwọ

Ọrụsị - Onye akụkụ ahụ ya na-ezughị oke

## IHE ỌMỤMỤ

Ụzọ dị iche iche ndị Igbo si agba mbọ.

Ndị Igbo bụ ndị kwenyere na a kwụghị otu ebe e ekiri mmanwụ, na aka aja aja na ebute ọnụ mmanụ mmanụ n'ịhị ya ha na-agba mbọ, n'ụzọ di iche iche dị ka:

(a) **Ịrụ Ọrụ Ugbo**
Ọrụ Ụgbo bụ otu ihe e ji mara ndị Igbo, ma nwata ma okenye. Ha na-ebido n'ụtụtụ ụbọchị rụrụ anwụ ọdida. O nweghị mgbe onye Igbo ji anọ na nkịti, kama ọrụba ọrụ ndị dị ańaa dị ka ikpa akịrịka, imezi aja ngwuru ma ọ bụ ịkpa ekete.

**(b) Ịga anamachọ ọrụ**

O bụrụ na onye Igbo enweghị ọrụ, ọ gaba anamachọọrụ nke ga-abụ onye kwụọ ya ụgwọ, ọ rụrụ ya ọrụ.

**(c) Ị mụ ọrụ aka dị iche iche**

Mgbe nwata gụchara akwụkwọ nke isii, ọ ga- aga kọléji ma ego dịrị. Ma ego adịghị, a ga-akpọga ya ebe ọ ga-amụ ọrụ aka ma ọ bụ ọgbaba ọdibi. Onye Igbo na-agba mbọ ịmụta ihe ọ gaara ịmụ ma site na nke a bụrụ mmadụ.

**(d) Azụmahịa**

Ndị Igbo na-agbakwa mbọ site n'ịzụ ahia. Ụfọdụ an –agbapụ na-abatakwa,ebe ndị ọzọ na anọ n'ọdu ahịa ha na-azụta ihe ha na-eri

**(e) Ịgụ Akwụkwọ**

Ndị Igbo na-agbakwa mbọ ịgụta akwụkwọ ọnụ ha. Onye chọrọ igu akwụkwọ na- agba mbọ ịguta ihe ma nweekwa asambodo so ya.

**(f) Ịkpa Akụ**

Ndị Igbo na-agbakwa mbọ iwelite ọnọdu ha site n'ikpa akụ dị ka ịzụ ewu, ọkụkọ na ụmụ anụmanụ dị iche iche. Mgbe ụfodụ nke a na-abụ iji nye aka n'ọrụ nke ha na-arụ. Ọ naghị abụcha isi orụ ha. Ihe kpatara oke ịgba mbọ a bụ na-abịa n'ala Igbo, ọkwa onye ọ bụla dị ya n'aka, ị bụ ọrgaranya ma ọ bụ ogbenye. Ọ bụ n'ịhị nke a ka onye Igbo nwere ike iji jụọ ibe ya. 'Ị na enye m nri?' N'ihe na ọ ma ya nwere mgbali nke onwe ya.

## IHE OMUME 1

(a) Onye Igbo kwere na akwụghị otu ebe ekiri mmanwụ. Olee otu nke a si metụta ịgba mbọ ndị Igbo?

(b) Olee ihe kpatara ndị Igbo ji agba mbọ nke ukwu?

### URU DI N'IGBA MBO NDI IGBO

Ịgba mbọ ndị Igbo wetaara ha mmepe anya. Site n'agụmakwụkwọ, ụfọdụ ụmụ afọ Igbo anọrọla n'ọkwa dị elu na goomenti. Ụfọdụ agaala ala Bekee. Ha amarala uru na mkpa ọ dị ịgụ akwụkwọ. Ọ nọdụ ụfọdụ gbanweela,ha bụrụzie ọgranya.

Ịgba mbọ ndị Igbo ewetala ọganihu dị iche ịche n'obodo. Ha na-emepe obodo ha n'echeghị ka goomenti gbatara ha ọsọ enyemeka. Ihe dị mkpa dị ka ọkụ eletrik dịchazi n'ime obodo. Nke ọzọ bụ na o mere ha onye ọbula nwee ihe ọ na eme iji nyere onwe ya aka.

Ịgba mbọ mekwara ka ha bụrụ ndị na-emeta njem ọnụ ha, nke a emeela ka mụta ọtụtụ ihe site n'aka ha bụrụ ọzọ dị ka asụsụ, ejiji na kwa erimeri.

Ịgba mbọ mekwara na enweghị ndị arịrịọ bara ụba site n'agbụrụ Igbo. Ndị arịrịọ na-abụkarị ndị ahụ ezụchaghị oke.

### Ọ GHỌM DỊ NA YA

(i) Oke ịgba mbọ ndị Igbo mere ka ha bụrụ eze onye agwala m' ihi na onye ọ

bụla nwere nke ọ na- eri.

(ii) Ọ nweghi onye na-arịọ ibe ya ihe n’ihi ya nsọpuru lara kpam kpam.

(iii) N’ihi oke njem, ụfọdụ na-atụfụ ọmenaala ha, ma na-amụrụ nke ndị ọzọ.

(iv) Ụfọdụ enwerela ịgba mbọ dị ka tigbuo, zọgbuo onye ọ bụla nọchiri ụzọ.

## IHE OMUME II

(i) Olee ụzọ ịgba mbo ndị Igbo si wetara ha mmepe anya?

(ii) Otu ọghọm ịgba mbọ nwere n’ebe ezi na ụlọ dị bụ gịnị?

### ỌNỌDỤ ỌBỊA NA NLETA ỌBỊA N’ALA IGBO

Ọbịa bụ mbịambịa. Ọbịa nwere ike si n’ezinaụlọ ọzọ ma ọ bụ obodo ọzọ bịa. Ndị Igbo na- emeta ọbịa mma n’ezinaụlo ahụ. A naghị emesi ya ike n’ihi na ebe o si dị anya. Onye Igbo na - ahọrọ ka egbuo ya kama a ga-egbu ọbịa ya.

Mgbe onye Igbo nwere ọbịa, ọ na-ekeke ya nnọọ, nye ya oche ma cheere ya ọjị. Ọ bụrụ na mkpụrụ ọjị adịghị, ọ ga-enye ya azụ iji gosi na obi dị ya mma na ya nabatara ya. Ọ bụrụ na ọjị adịghị n’ihi oge onye ahụ jị bịa, o ga-asara ya usa ọjị dị ka ‘ojị juru ụlọ m’, ‘Abalị ewerela ọjị.’ d.gz. Ọ bụrụ oge ugbu a, e nwere ike inye onye ahụ mmanya ọtọbịrịbịrị, afụfa, achịcha bekee. d.gz. E nwekwara ike libere ya ọkụkọ ma ọ bụ ewu dị ka ije ya si dị.

Ọ bụrụ na ụzọ dị anya, a ga-enye ya mmiri ịsa ahu ma nyekwa ye ihe oriri, Nke a mere na onye Igbo sibe nri, o sie ya ebe ọ ga-afọ maka mbịambịa. Ugbu a ka ọbịa ya ga-ekwu isi ije ya.

Mgbe ụfọdụ, a na-enye ọbịa ebe obibi n’ ala ebe ọ ga na -akọ ihe dị ka ọnọdụ ọbịbịa ya siri dị. Onye ọbịa nwere ike ịnọ n’otu ezinaụlọ, lụọ nwaanyi, mụọ ụmụ ma baakwa ụba. Ezinaụlọ dị otu a na-ewere onye ọbịa ahụ dị ka otu n’ime ụmụnna ha n’’ihi na ọ bụ ikwu na ibe o nwere. Ma n’ihe ọnwụ ma na ndụ, Igbo na-eleta ọbịa. ha anaghị ekwe ka o nwee ihe mwute n’ihi na ọ bịara abịa.

## IHE OMUME III

(i) Olee ihe na-egosị na Igbo nabatara ọbịa?

(ii) Ọ bụrụ na mmadụ nwee ọbịa ma o nweghị ihe o nwere inye ya, ọ ga-eme gịnị?

## NCHỊKỌTA

N’ihe ọmụmụ a, anyị lebara anya n’ihe ndị a:

(i) Uzọ dị iche iche ndị Igbo si agba mbọ.

(ii) Uru dị n’ịgba mbọ ha.

(iii) Ọghọm dị n’ịgba mbọ ha.

(iv) Ọnọdụ ọbịa na nleta ọbịa n’ala Igbo.

## NNWALE

(i) Olee ụzo dị iche iche ndị Igbo si agba mbọ?

(ii) Olee uru ato ịgba mbọ baara ndị Igbo?

(iii) Olee ọghọm abụọ nke a butere ndị Igbo?

(iv) Kedu otu ndị Igbo si eleta ọbịa ha?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

# Yunit 7: Ọrụ Nne Na Nna N'ezi Na Ụlọ

## MMALITE

Nne na nna na-ejisi ike ịhụ na ha zụlitere ụmụ ha nke ọma. Onye ọ bụla na –agbalị ka. Chineke nye ya ụmụ dị mma. Nwaanyị mụta nwa ya, dị ya ga-eje ahịa akwa, ji, azụ na ọtụtụ ihe ndị ọzọ iji lee ya ọmụgwọ. Ha na-agba mbọ ihụ na nwata a nwere ihe ndị mkpa ọ ga-enwe ruo oge ọ malitere riwe nri. Nwata na-etolilte, nne na nna ya a na-ele ya, ma oge ahụ siri ya ike ma oge ahụ adịghị ya.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ, ị ga-enwe ike:

(a) Ịkọwapụta ọrụ nne n'ezi na ụlọ,

(b) Ịkọwapụta ọrụ nna n'ezi na ụlọ,

(c) Ịkwapụta ihe ọjọọ dị iche iche nwere ike ịpụta ebe nne na nna dara n'ọrụ ha.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Gụọ ederede a na nkeji na nkeji nke ọma

(b) Zaa ajụjụ so nke ọ bụla tupu i gaa n'ọzọ

(c) Lee anya na nchịkọta iji mata ihe ndi a kpatụrụ aka

(d) Lee anya n'azịza iji mata etu i si metadebe.

## NKỌWA OKWU

**Mkpụrụ akụkụ**: Ụmụ irighiri ihe a na-akụ n'ubi dị ka inine, afụfa, tomato,akịdị.

**Akpụka mma:** Mma adịghị nkọ

**Ofuogori**: Onye abaghị uru

## IHE ỌMỤMỤ

### ỌRỤ NNE N'EZI NA ỤLỌ

Ọrụ kasi ọrụ nwaanyị bụ ịmụ na ịzụlite nwa. Obi adịghị adị nwaanyị mma ma ọ bụrụ na ọ mụghị nwa. Ndị mmadu na-akpọ onye ahụ aga n'ihi na o nweghị ike ịrụ ọrụ e ji maka ya alụ nwaanyị.

Ezi na ụlọ tozuru ma nne anọghị ya ezughị oke. O yiri ofe e techara ma a tinyeghị ya nnu. Ọrụ na-adị n'ezi na ụlọ bara ụba.

Ọ bụ ọrụ nne ịga ahịa zụta ihe oriri, sie nri nye ndị ezi na ụlọ ya ugbo atọ n'ụbọchị.

Ọrụ ndị ọzọ bụ igbukọta akwụ na ibukọta ụkwa na mkpụrụ osisi ndị ọzọ dị n'ala Ịgba akpụ na ịkụ mkpụrụ akụkụ dị iche iche na ịrụchakwa ubi ji di ya.

Ịchọta nri nke ndị ezi na ụlọ ya ga-eri ụtụtụ na abalị na-abụ ọrụ nne Oge ụfọdụ, ihicha na idozi ụlọ ka ọ dị ọcha sokwa n'ọrụ ya.

Ọ bụ nne na-akụziri ụmụ ya ezi agwa. Ụmụaka adịghị akpa esi agwa ọ bụ nne ka a na-asị na ọ rụghị orụ dịrị ya, ma ọ bụ na nne ha na-akpa agwa ọjọọ n'onwe ya n'ihi na a sịrị na ''nne ewu na-ata agbara, nwa ya a na-ele ya anya n'ọnụ''.

Ọ bụkarịsịrị ọrụ nne nwe ụlọ ịkụziri ụmụ ya tụmadụ ụmụ nwaanyị otu e si eje ozi dị n'ụlọ dị ka isi nri, idozi ụlọ na ite ya, ịsụ akwa, ịbanye akpu na ịyọ akpụ na ihe ndị ọzọ dị iche iche.

## IHE OMUME I

(a) Kedụ ọrụ kasị mkpa nwaayị na-arụ n'ezi na ụlọ?

(b) Gịnị ka a ga-eji tunyere ezi na ụlọ?

(c) Olee ọrụ atọ nwa nwaanyị nwere ike ịmụta n'aka nne ya?

## ỌRỤ NNA N'EZI NA ỤLỌ

Ezi na ụlọ ọ bụla nwere onye nọ n'isi na-elekọta ya anya. Onye ahụ bụ onye a na-akpo nna nwe ụlọ. A bịa n'ezi na ụlọ, ọrụ dịịrị onye nwe ụlọ abụghị onye nwe agwọ e ji akpụka mma egbu.

Ọ ga na-azụtara ha akwa mee ka ha di ka ibe ha. Ọ ga-awanye ha ala ebe ha ga-akpụ ihe akụkụ dị iche iche. Ọ ga na-enyere ha aka site n'ịbara ha ala ebe ha ga-atụ ji, kọọ akpụ na ede.

Ọ bụ ọrụ ya ichebe ezi na ụlọ ya. Ọ bụ ọrụ ya ịzụtara ụmụ ya uwe.Ụgwọ akwụkwọ bụ n'isi ya ka ọ dị. Ọ bụkwa oke na ọrụ ya ichiri ụmụ ya echichi dị iche iche.

Ọ bụ ọrụ dịịrị nna nwa ụlọ ịhụ na ezi na ụlọ ya rijuru afọ nke ọma, birikwa n'ezigbo ụlọ. Ọ bụ ọrụ dịịrị nna iwelite ezi na ụlọ ya ka ọ bụrụ ezi na ụlọ na-ewu ewu. Ọ bụkwa ọrụ nna ịkụziri na ịgbaziri ụmụaka ya na ọ bụ ezi na ụlọ ya na-akọrọ ha akụkọ odịnaala. Nke kanụ bụ ịkụziri ha ka ha na-edebe iwu ododo, na-asọpụrụ ndị okenye, ma na-enyekwa onwe ha nsọpụrụ n'ezi na ụlọ ahụ. Ọ bụkwa ọrụ dịrị ya ịnye onye ọ bụla mebiri iwu ma ọ bụ nupu ịsị n'iwu nke ezi na ụlọ ahụhụ kwesịrị ekwesị.

## IHE OMUME II

(i) Ọrụ dịịrị nna nwe ụlọ abụghị agwọ e ji akpụka mma egbu pụtara gịnị?

(ii) Depụta ọrụ atọ nwoke nwere n'ebe nwunye ya nọ.

(iii) Depụta ọrụ anọ nna nwere n'ebe ụmụ ya nọ.

Ihe ọjọọ nwere ike ịpụta ebe nne na nna dara n'ọrụ ha. Ndị Igbo sịrị na ''agwọ aghaghị ịmụ ihe ogologo''. Ọ bụrụ na nne na nna arụghị ọrụ kwesịrị ha n'ezi na ụlọ nke ọma ụmụaka ha agahie ụzọ.

Ọ bụrụ ebe di na nwunye na-alụkarị ọgụ, ụmụ ha ga-amụta ịchọ okwu mgbe dum.

Ọ bụrụ na nwata ahụ ebe nne ya mere ihe, e mesịa, oge ajụrụ onye mere ihe ahụ, nne ya agọọ, nwata di otu a ga-amụta ịgọ agụgọ oge ọ bụla o mere ihe. Ọ bụrụ na nne na nna enweghị omume dị mma, ụmụ ha nwere ike na-atụtụ aka. Arụghị ọrụ nke ọma nwere ike ibutere ụmụ nwaanyị a mụrụ n'ezi na ụlọ si etu a alụghị dị n'ịhị na nwoke ọ bụla ga-achọ ka nwa ya gaa n'ezi na ụlọ dị mma ịlụ nwaanyi.

Ọ bụrụ na nne enweghị nsọpụrụ ebe nna nọ, ụmụaka ha nwere ike na-ele ndi okenye anya n'isi.

Ọ bụrụkwa na nna bụ ofuogori, ụmụ ya nwoke nwere ike ịbụkwa ofuogori. Ọ bụrụ na nne enyeghị ụmụ ya ndị nwaanyị ezigbo ọzụzụ, ha nwere ike ịtụ ime mkpuke. Mgbe ụfọdụ, agwa ha na be di ha nwere ike ibutere ha ịgba alụkwaghịm. Ọ bụrụ na nna akụzighịrị ụmụ ya omenaala na nsọala, ha nwere ike merụo ala. Nne na nna na-enwekwa obi nkoropu mgbe dum.

**URỤ Dị MA NNE NA NNA Rụọ ỌRụ HA NKE ỌMA.**

Ezi na ụlọ nne na nna rụrụ ọrụ ha nke ọma, obi aṅụrị na-abụ nke ha mgbe nịịle. Ụmụ ha na-abụ ụmụaka nwere nrube isi na nsọpụrụ n'ebe ndị okenye na iwu obodo dị.

Ezi na ụlọ dị etu a na-anọ n'udo mgbe dum.Ụmụaka ga-eto bụrụ ndị nwere akọ na uche. Ha na-enwekwa ọrụ dị mma. Ụmụ nwaaanyị ha na-agbakwa ọkụ dị. Ụmụaka si n'ụdị ezi na ụlọ a na-enwe ọkwa n'ọchịchị obodo.

## NCHỊKỌTA

Na yunit a, anyị lebara anya ihe ndị a:

(i) Ọrụ nne n'ezi na ụlo.

(ii) Ọrụ nna n'ezi na ụlọ.

(iii) Ihe ọjọọ dị iche iche nwere ike ịpụta ebe nne na nna dara n'ọrụ ha.

(iv) Uru dị n'ịrụ ọrụ dị n'ezi na ụlọ nke ọma.

## NNWALE

(i) Olee ọrụ ise nne nwere n'ezi na ụlọ.

(ii) Gịnị bụ ọrụ ise nna nwere na ezi an ụlọ

(iii) Depụta ihe ọjọọ nwere ike ịpụta ebe nne na nna dara n'ọtụ ha.

(iv) Olee uru ise dị n'iru ọrụ dị n'ezi na ụlọ nke ọma?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A:**

Emenanjo, E.N at al (1987) Igbo Maka Junịọ Sekọndịrị 1 Ibadan: University Pres Plc.

Ogbalu, F.C (1981) Ndu Ndị Igbo. Onisha: University Publishing Co.

# Yunit 8: Ịzụlite Nwa N’ala Igbo

## MMALITE

Ọzụzụ nwa bụ ihe siri ike nke ukwu. Ọ bụghị egwu a chi ụtaba n’aka agba n’ihe na nwa a na-azụghị nke ọma bu nsogbu nke ezi na ụlọ ya na kwa obodo o si n’ime ya Ọ bu ya mere e ji asị na ‘Ọmụmụ abụghị ọzụzụ’ Ka anyị leba anya n’ịzulite nwa n’ ala Igbo’.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ, Ị ga-enwe ike:

(a) Kọwaa ihe bụ ịzụ nwa.
(b) Kwuo mgbe ọzụzụ nwa ji amalite.
(c) Ịkọwaa ndị ọ bu oke na ọlụ ha ịzụlite nwa n’ala Igbo.
(d) Depụta ụzọ dị iche iche e sị azụlite nwa n’ ala Igbo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Buru ụzọ lezuo edereede a n’anya ma gụọ ya na nkeji na nkeji.
(b) Zaa ajụjụ so nkeji ọ bụla tupu ị gaa n’ọzọ.
(c) Lee anya na nchịkọta iji mata ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ e mere na yuniti a.
(d) Lee anya n’azịza enyere iji mata etu I siri metadebe.

## NKỌWA OKWU

Nha: Ịwu a na-eri onye dara iwu

Gboo:Ochie

## IHE ỌMỤMỤ

Ọzụzụ nwa bụ otu n’ime usoro obibi ndụ ndị Igbo kachasị mkpa n’ ihi na ha na-esite na ya kụziere ụmụ ha omenaala ha. Ọ bụkwa site n’ozụzụ ndị Igbo na – enye ụmụ ha ka ha ji agbasi ike ma nweekwa ọgụgụ isi ma na-akpakwa agwa ọma.

## IHE ỌMỤMỤ

Ọzụzụ nwa bụ otu n’ime usoro obibi ndụ ndị Igbo kachasị mkpa n’ihi na ha na-esite na ya kụziere ụmụ ha omenaala ha. Ọ bụkwa site n’ozụzụ ndị Igbo na-enye ụmụ ha ji agbasi ike ma nweekwa ọgụgụ isi ma na-akpakwa agwa ọma.

## IHE OMUME I

(a) Olee ihe bụ ebumnobi e ji azụlite ụmụaka?

### MGBE ỌZỤZỤ NWA JI AMALITE

Ọzụzụ nwa na-amalite site na mgbe amụpụtara nwa. Mgbe nne ya na- enye ya ara. Nwata ahụ ga-ele ya anya n’ihu iji mata etu nne ya dị. Ya mere nwa ji ama onye nne ya bụ site na mgbe ọ dị ntakịrị.

Nwata na-aṅụ ara taa nne ya arụ, nne ya na-eti ya ihe ma ọ bụ tie mkpu. Nke a ga-eme ka nwa a sepụ ọnụ n'ara ma lebe nne ya anya. Mgbe nwata hụrụ na nne ya na achịsịrị ya ọchị, ọ na esoro nne ya chịa. Etu a ka mmụta si amalite.

Mgbe nwata ruru ọnwa atọ e bido nyebe ya akamụ, ji a pịrị apị, elele, na ihe ndị ọzọ. A ga-ebido na-akụziri ya ka ano ọdụ mgbe o bidoro gbebe igbe onye na-eku ya na- elezi ya anya ka ọ ghara ịtụtụrụ ihe ọ bụla ga-emeru ya ahụ.

Nwata ruo otu afọ, gaba ije, a na –akwụsị ya ara abịa-enyezi ya ihe ndị ọzọ a na-eri eri. A na-ebido kụzibere ya ịkpọ aha nne, nna na ụmụnne ya. A ga –ahapụ nwata aka ya na ụmụaka ndị ọzọ na-egwu egwu ka o were na- amụta ihe ndị ọzọ site n'aka ndị ọzọ tọrọ ya.

Nne na nna ga-ekwekwa ka ọ banye n'otu ụmụaka ibe ya. Ha ga ekwekwa ka ọ banye n'otu ndị ụka ka ọ na eje na-anụkwa okwu Chineke. Ọ bụrụ nwoke nna ya ga-akpọbatakwa ya n'otu ndị n'obodo ha dị ka: otu mmanwụ, ekpo, otu ndị ọzọ ka o soro ibe ya mara omenaala ndị obodo ya.

## IHE OMUMU II

(i) Olee ihe mere e ji ahapụ nwata ka ya na ụmụaka ndi ọzọ na-egwuri egwu?

(ii) Olee mkpa Ọ dị ịkpọba ụmụaka n'otu ndị dị n' obodo ha?

### NDỊ Ọ BỤ ỌRỤ HA ỊZULITE NWA N'ALA IGBO

Ndị Igbo na- azụlite ụmụ ha nke ọma. Ọrụ ịzụ nwa abụghị naanị nne na nna ka ọ dịrị. Ọ bụ ọrụ onye ọ bụla. Nwata adịghị eme ihe nke ọma ndi ọzọ ga-akụziri ya, na-agbaziri ya ka ọ mara ihe.

### NNE NA NNA

Ndị a bụ ndị nkuzi mbụ nwata na-enwe. Otu ihe nwata na-esite n'aka ha amụta bụ asụsụ mbụ na akụkọ ọdịnaala ụmụnna.

Ụmụnne bụ ndị nkuzi nke abụọ nwata na-enwe. Ọ bụ site n'aka ha ka o esi amụta ikwu okwu nke ọma tinyekwa ime ihe ụfọdụ dị ka igwu egwu ga-em ka ahụ gbasie ha ike.

## IKWU NA IBE

Ikwu na ibe maara na otu ọrụ dịịrị ha bụ ịzulite nwa. Ọ bụ ọrụ onye ọ bụla igbasiri nwata ka ọ mara ihe.

Azi

## OTU ỌGBỌ

Otu ụka na-enye aka n'ịzụlite nwata. Ha na-enwe iwu na-ahazi akparamagwa onye mmehie .

## OTU ỤKA

Otu ụka na-enyekwa aka n'ịzụlite nwata site n' ịgwa ya okwu Chukwu na ịgwa ya ụgwọ ọrụ mmehie.

## IHE OMUME III

(i) Gịnị kpatara na onye ọ bụla na-agba mbọ inye aka n'ịzụlite nwa n'ala Igbo?

(ii) Nwata mechie otu ọgbọ ya, gịnị bụ ụgwọ ọrụ ya?

(iii) Olee ụzọ ụmụnne si enye aka ịzụlite nwa?

### UZỌ DỊ ICHE ICHE ESI AZỤLITE NWA N'ALA Igbo

Ọtụtụ ụzọ ka ndị Igbo si azụ ụmụ ha. Ụlọ akwụkwọ adighị ebe a na-akụziri ụmụ ha ihe. Ha na-akụziri ụmụ ha ihe site n'ịkọ akụkọ ọdịnaala. Nke a bụ akụkọ ifo na akụkọ ndị ọzọ a na akọrọ ụmụaka ime ka echiche ha bawanye n'ime ka ajọ omume ha gbanwee. Ndị nne na nna na ndị Okenye na-akpaagwa ọma n'ihu ụmụ ha iji kụziere ha ezi omume. Ha na-akpọ ha ga ọrụ iji kụzieri ha otu e si arụ orụ. Ha na-akponye ha ndị nka ka ha kụziere ha orụ aka dị iche iche.

Ụmụaka na-amụta ihe ụfodụ site n'otu ọgbọ. Ọ bụ oge ha na –egwu egwu ka ha na-amụta ihe ụfodụ.

Nne na –akụziri ndị nwaanyị otu e si eje ozi ezi na ụlọ dị ka: isi nri, ite ụlọ na ihe ndi ọzọ. Ndị nna na- akụziri ụmụ ha ndị nwoke otu esi arụ ọrụ ite nkwụ na ịkọ ji na igbu nkwu.

Mgbe ọ bụla a na- ekpe ikpe di na nwunye ma ọ bụ esemokwu dịịrị mmadụ abụọ anaghị achụpụ ụmụaka. Nwata nwere uche na-anọdụ n'ebe ana eme ihe ndịa muta ihe. Ọ buru na ihe adịghị agazi nke ọma n'obodo, ndị okenye nwere ike kụọ ekwe, kpọkọta ụmụ okorobịa gwa ha etu e si eme ihe mgbe elu bụ ala ọsa.

Ọtụtụ omenaala ndị Igbo bụ nke ụmụ ha na-amụta ihe site n' ilere anya na igere ntị. Ịmaatụ: Ọ dịghị ebe a na-ewu ụlọ kpọkọta ndị mmadụ kụziere ha etu e si alụ nwaanyị. Ọ bụ site n'ịnọrọ n'ebe a na-ekwu okwu nwaanyị ka a na-amuta etu e si eme omenaala dị n'ime ya.

Ịba mmanwụ bụ otu ụzọ e si azụlite ụmụaka ndị nwoke. Akụkọ dị iche a ga-akọrọ ha tupu e bido mmemme a na eme ka ha nwee obi ike, nrube isi na izobe ihe. Ọ bụrụ na nwata emehie, a na-apịa ya ụtarị ma ọ bụ bube ya ọnụ ma ọ bụ daa ya nha ma ọ bụ naghaa ya ịga ebe ndi ọzọ na-aga.

## IHE OMUME IV

(i) Olee ụzọ ụmụaka si amụtakarị ihe n'ala Igbo?

(ii) Olee ntaramahụhụ a na –enye nwa mehiere?

## NCHỊKỌTA

N’ihe ọmụmụ a, anyị lebara anya n’ihe ndia:

(i) Ihe bụ ịzụ nwa.

(ii) Mgbe ọzụzụ nwa ji amalite

(iii) Ndị ọ bụ oke na ọrụ ha ịzụlite nwa n’ ala Igbo?

(vi) Ụzọ dị iche iche e si azụlite nwa n’ala Igbo?

**NNWALE**

(i) Gịnị bụ ịzụlite nwa n’ala Igbo?

(ii) Olee mgbe ịzulite nwa ji amalite?

(iii) Kedụ ndị ọ bụ ọrụ ha ịzụlite nwa n’ala Igbo?

(vi) Depụta ụzọ e si azụlite nwa n’ala Igbo?

**AZIZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA**


Ekwealor, C.C (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Onisha, Plama Pubishing Co. Links Ltd.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 9: Ihe Ezi Na Ụlọ Na Ikwu na Ibe Ndị Igbo Pụtara

## MMALITE

Mgbe onye Igbo na-ekwu, ọ na-akpọtụkarị ezi and ụlọ, ikwu an ibe. Gịnị ka ọ bu n’uche? Olee ndị bụ ezi na ụlọ ya na ikwu na ibe ya? Gịnị jikọtara ha? Ka anyị leba anya n’ihe ezi na ụlọ na ikwu na ibe pụtara nye ndị Igbo.

## MBUNUUCHE

Na ngwucha ihe ọmụmụ, ị ga-enwe ike:

(a) ịkọwa ibe bụ ezi na ụlo na ikwu na ibe.
(b) depụta ezi na ụlọ dị iche iche e nwere na ndụ ndị Igbo.
(c) kwupụta ihe kpatara e ji enwe ụdị ezi na ụlọ ndị a.
(d) kọwapụta myiri na ndịịche dị ‘etiti ha.

## USORO ỌMỤMU YUNITA

(a) Gụọ ederede a nke ọma na nkeji na nkeji.
(b) Zaa ajụjụ so nkeji ọ bụla tupu I gaa n’ọzọ.
(c) Lee anya na nchịkọta iji mata ihe ndị a kpatụrụ aka
(d) Lee anya n’azịza iji mata etu i si metadebe

## NKỌWA OKWU

Ide mmiri: Ifu efu

## IHE ỌMỤMỤ

### Ihe Bu Ezi na Ụlọ na Ikwu Na Ibe

Ezi na ụlo bụ ndị bi n’ụlọ nke ndị mebere ya bụ nne na nna, ụmụ na ndị na-aga ozi n’ụlo ahu. Nke a nwere e ji gunye ndị nịịle nwoke ahụ na-elekọta anya na-abụghị naanị ndi si ya na afọ puta. Ọ bu ezie na ndị Igbo na-enwe nwanne na nwanna ma na-emekọritakwa ihe ụfọdu ọnụ ma nwoke Igbo ọ bụla na-acho ezi na ụlọ nke ya. A mụrụ ụmụ na-aga, ezi an ụlọ ana abawanye.

Ikwu na ibe bụ ụmụnne na ụmụnna nke ihe jikọtara ha bụ nnukwu nna, ọ gụnyekwara ndị ọgọ na ịkwu nne.

Mkpuke na-enwe otu nwoke nwe ezi na ụlọ a nke bụ dibụlọ. A na-enwekwa otu nwaanyị nke bu nwunye nwoke nwe ụlọ. A na-enwekwa ha na ndị na-agara ha ozi. N’ụdị ezi na ụlọ a, ọ bụ nwoke na –akpata ihe a na-eri. Nwunye ya bụ onye na-esi ihe oriri. Ọrụ ụmụaka bi n’ụdị ezi na ụlọ ụbara mkpuke na-enwe otu nwoke nwe ya ma nwee ọtụtụ nwunye. Ọrụ nwoke nwe ezi na ụlọ a bụ ichekwaba ndị ezi an ụlọ ya n’ihe egwu dị iche iche na igboro ha mkpa dị iche iche . N’ụdị ezi na ụlọ a, na-enwe otu dịokpara, ma mkpuke ọ bula nwee ike inwe dịokpara nke ya.

Ezi na ụlọ mbasa na-enwe ọtụtụ dị na nwunye ndị nwee ezi na ụlọ nke ha n’otu n’otu. Ihe jikọtara ezi n’ụlọ dị otu bụ nnukwu nna. Ha nwẹkwara otu arụsị ha na efe na omenala ha na-asọpụrụ. Ha agaghị alụ onwe ha nihi na ha si n’otu nna. Ọrụ onye ọ bụla n’ụdị ezi na ụlọ a bụ ịhụ na ya chekwarabara ezi na ụlọ nke ya na ịhụ na omenala ndị agbụrụ ya adaghị mmiri.

## IHE OMUME 1

(a) Ụdị ezi na ụlọ ole ka e nwere ‘ala Igbo?
(b) Olee ndị bụ ikwu na ibe mmadu?
(c) Olee n’ụdị ezi an ụlọ a na-enwe dị ọkpara na mkpuke?
(d) Olee ihe bụ ụmụaka n’ezi na ụlọ?

### IHE KPATARA E JI ENWE EZI NA ỤLỌ OTU MKPUKE

(a) Nwoke ezi na ụlọ na-agba mbọ ahụ na ya nwere ike ịlụrụ otu nwaanyị n’ịhị na nwaanyị na nsogbu ya hiri nne.
(b) Ka nwoke wee nwee ike iledo ezi na ụlọ ya anya nke ọma.
(c) N’ihi okwukwe nke dị otu Kraịsti.

### IHE KPATARA E JI ENWE EZI NA ỤLỌ ỤBARA MKPUKE

(a) Ka nwoke wee nwee ndị na-agara ya ọrụ.
(b) Ka nwoke nwee ndị ga-alụrụ ya ọgụ mgbe ọ dị mkpa.
(c) Ndị mmadu na-asọpụrụ ụdị ezi nạ ụlọ a.
(d) Nwoke nwee exi na ụlọ ana-enw nchekwube nay a ga-enweta ezigbo ihe oriri oge ọ bụla n’ihi na nwaanyi nke ọ bụla na-achọ ihe ọ ga-eme ka di ya hụ ya n’anya.

## IHE OMUME

(a) Olee otu ihe kpatara e ji enwe ezi na ụlọ ụbara mkpuke?
(b) Olee otu ihe mere e ji nwee ezi na ụlọ otu mkpuke?

### MYIRI NA NDỊICHE DỊ N’EZI NA ỤLỌ MKPUKE NA EZI NA ỤLỌ ỤBARA MKPUKE

**Myiri**

(a) Ha abụọ na-enwe otu nna nwe ụlọ.
(b) Ha abụọ soro mebe ezi na ụlọ mbisa.
(c) Ha na-enwe otu dịokpara.
(d) Ọrụ onye ọ bụla n’ụdị ezi na ụlọ abụọ ndị a.

**Ndịiche**

(a) Ezi na ụlọ otu mkpuke na-enwe naanị otu nwaanyị nke bụ nne ezi n’ụlọ ma n’ezi na ụlọ a na enwe ụbara mkpuke na-enwe ọtụtụ ụmụ nwaanyi ndị bụ nwunye dị.
(b) Ezi na ụlọ ụbara mkpuke na-enwe ike inwe dịọkpara na mkpuke na mkpuke naanị otu dị ọkpara.

(c) A bịa n’ ezi na ụlọ otu mkpuke, nne na-esota nna nwe ụlọ ma n’ezi na ụlọ ụbara mkpuke a na-abụ isi site n’onye bụ ụzọ bịa ije dị.

## IHE OMUME III

(a) Olee otu ihe jikọtara ezi na ụlọ otu mkpuke na ezi na ụlọ ụbara mkpuke?

## NCHỊKỌTA

Na Yunit a, anyị lebara anya n’ihe ndị a:

(a) Ihe bụ ezi na ụlọ na ikwu na ibe.
(b) Ụdị ezi na ụlọ dị iche iche e nwere n’ala Igbo.
(c) Ihe kpatara e ji enwe ụdị ezi na ụlọ ndị.
(d) Myiri na ndịiche dị na ha.

### NNWALE

(a) Kọwaa ihe ezi na ụlo pụtara.
(b) Depụta ụzọ ezi na ụlọ atọ a nwere na ndụ ndị Igbo.
(c) Olee otu ihe kpatara e ji n’enwe ụzọ ezi na ụlọ a n’otu n’otu?
(d) Olee myiri abụọ ndị n’etiti ezi na ụlọ?
(e) Depụta otu ndịiche dị n’etiti ezi na ụlọ otu mkpuke na ezi na ụlọ ụbara Mkpuke.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

### EDENSIBỊA

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

## Yunti 10: Nchịkọta Ndị Igbo na Ndụ Ha

### MMALITE

Na moduul a ka mụrụ ihe gbasara ndị Igbo na ndụ ha, ala ha, ndị agbataobi ha, ejiji na ekele ha, akparamagwa ha, ịzụlite nwa na kwa ezi na ụlọ ha.Ihe ị ga-ahu na yniti a bụ nchịkọta ihe niile ahụ imụrụ bido na yunit 1 ruo na yuniti 9.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, a na-atụ anya na ị ga-enwe ike

(a) kọwaa ndị Igbo na ebe ha bi,
(b) kọwapụta ụdị ejiji na ekele ndị Igbo,
(c) kwupụta otu Igbo si agba mbọ na etu ha sị eleta ọbịa,
(d) depụta otu ndị Igbo si azụlite ụmụ ha.
(e) depụta mpụtara ezi na ụlọ na ikwu na ibe ndị Igbo.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Ịga-ahụ na yunit 1 ruo 9 dị gị nso.
(b) Gụo yunit a nke ọma ma lee anya na yunit ndị gara ma ị nwere ihe
(c) Mgbagwoju anya.
(d) Mee ihe omume niile e nyere gị ma hụ na ịghọtara ihe ndị dị mkpa a kuzịrị.

### NKỌWA OKWU

Depụta okwu ọbụla siri gị ike ma wegara ya onye nkụzị gị ka o nyere gị aka kọwaa ya.

### IHE OMUME I

(a) Olee otu nnukwu ihe jikọtara ndị Igbo dị ka otu agbụrụ?
(b) Kedụ obodo abụọ ha na ndị Igbo gbara agbataobi site na ndịda ala Igbo?
(c) Olee ihe dị mkpa gbasara ndị Igbo na ebe ha bi taa?

### IHE OMUME II

(a) Olee ụdị ejiji atọ enwere n'ala Igbo?
(b) Olee ihe ekeke na-egosịpụta n'ala Igbo?

### IHE OMUME III

(a) Olee ụzọ dị iche iche ha si ele ọbịa?
(b) Olee ihe atọ onye Igbo nwere ike ime ka agụụ ghara igbu ka?

### IHE OMUME IV

(a) Olee ihe a na-eme nwata mehierenụ?

(b) Olee ihe mebere ezi na ụlọ mbisa?

## NCHỊKỌTA

N'ihe ọmụmụ a anyị lebara anya n'ihe ndịa

(a) Ndị Igbo, ebe ha bi na agbataobi ha.
(b) Ụdị ejiji na ekele ndị Igbo
(c) Akparamagwa ndị Igbo
(d) Ịzụlite nwa n'ala Igbo
(e) Ezi a ụlọ

## NNWALE

(a) Depụta steeti niile e nwere dị Igbo.
(b) Olee ndị bụ ndị Igbo
(c) Depụta ihe atọ ụmụnwaanyị Igbo ugbu a lụrụ di jieji ejiji.
(d) Olee otu akparamagwa ndị Igbo nwere?
(e) Depụta aha ezi na ụlọ ise so n'ụmụnna gị.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME ANA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSIBỊA**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

# MODUUL 2: MKPỤRỤỤDA ASỤSỤ

## Yunit 1: Mkpụrụ Edemede Igbo

### MMALITE

Asụsụ ọ bụla nwere mkpụrụ edemede nke ya. Bekee nwere nke ya. Otu ahụ ka ọ dị n’asụsụ Igbo. Ọ bụ mkpụrụedemede a ka a na-akpọ mkpụrụ ụda

Mkpụrụ edemede Igbo dị nnukwu mkpa n’asụsụ Igbo n’ihi na ọ bụ ya ka e ji emebe okwu Igbo. Ọ bụkwa mkpụrụ edemede a ka e ji ede ihe ọ bụla n’Igbo.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga enwe ike:

(a) Kpọpụta usoro edemede ọhụụ mkpụrụuda e ji ede Igbo ugbu a amalitere dikwa ire.

(b) Kpọpụta aha onye isi chịkọtara usoro mkpụrụ edemede a.

(c) Kwuo ole mkpụrụ edemede Igbo dị. Gụpụta mkpụrụ edemede Igbo niile n’usoro ma gụọ ha were were.

(d) Depụta mkpụrụ edemede nta na nke ukwu.

(e) Were mkpụrụ edemede nta ọ ọbụla mebe mkpụrụ okwu abụọ abụọ.

(f) Kọwaa ole e kebiri mkpụrụ edemede Igbo.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(i) Gụọ yunit a nke oma ma mata mbunuche ya ka ị were mara ihe a chọrọ ka i si aga n’ihu imata oge ị mụchara yunit a. Enwere ọtụtụ ihe ọmụmụ iji nwalee gị ka imechara nkeji ọbụla. Tulee omume nke ọbụla oge I ruru na ya ka i were mata otu isi aga n’ihu na nke I metere. N’isi ngwụcha nke ọbụla e nwere nchịkọta ndị ga-echetara gị ihe niile gbasara yunit a. Enwere nnwale nke ga-enye gị ohere ime ihe ndị ị mụrụla.

### NKỌWA ỌMỤMỤ

Chọpụta okwu ndị tara akpụ ma chọpụta mpụtara ha n’kowa okwu Igbo.

### IHE ỌMỤMỤ

#### MKPỤRỤ EDEMEDE IGBO NA ỤDỊ E ENWERE YA

Mkpụrụedemede eji ede Igbo malitere dịwa ire n’afọ 1961. A na-akpọ ya usoro edemede nke ‘Ọnwụ’ A hasigharịrị ya ka mkpụrụ edemede ya buru ụzọ dị ka ‘a’

E mere nhazi a n’afọ 1961. Mkpụrụ edemede Igbo dị iri atọ na isii. E nwere nkpụrụ edemede ukwu.

A B CH D E F G GB GH GW H I Ị J K KP KW L M N Ṅ NW NY O Ọ P R S SH T U Ụ V W Y Z

**IJI MKPỤRỤ EDEMEDE MEBE OKWU**

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| A | AKA | GW | IGWE | KP | AKPA |
| B | UBE | ṅ | AṅA | R | IRE |
| CH | OCHE | H | IHE | KW | IKWE |
| D | UDE | NW | ỌNWA | S | ISE |
| E | EGO | I | ISI | SH | ISHA |
| F | OEE | N | ANYA | T | NTỤ |
| G | UGO | Ị | ỊKA | U | UTE |
| L | OLU | O | OBE | Ụ | ỤTỤ |
| GB | IGBE | J | NJỌ | V | MBỌ |
| M | MMA | Ọ | ỌBA | W | UWE |
| GH | AGHA | K | ỌKA | Y | NYỌ |
| N | NKỤ | P | OPI | Z | ỌZỌ |

## IHE OMUME 1

1. Mkpụrụedemede Igbo ha dị ole?
2. Kedụ afọ e wepụtara mkpụrụ edemede anyị ji ede ihe ugbu a?
3. Kpọpụta aha onye isi chịkọtara usoro edemede abịdịị Igbo.

**USORO ODIDE MKPỤRỤEDEMEDE NTA**

Nke a bụ usoro ide mkpụrụedemede nta:

a b ch d e f g gb gh gw h i ị j k kp kw l m n ṅ nw ny o ọ p r s sh t u ụ v w y z

**IJI MKPỤRỤEDEMEDE NTA MEBE OKWU**

Dị ka anyị maara mkpụrụedemede Igbo dị iri atọ na isii. Lee usoro iji mkpụrụedemede nta mebe okwu:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| a | aka | gw | igwe | kp | Akpa |
| b | ube | ṅ | aṅa | r | Ire |
| ch | oche | h | ihe | kw | Ikwe |
| d | ude | nw | ọnwa | s | Ise |
| e | ego | i | isi | sh | Isha |
| f | oee | n | anya | t | Ntu |
| g | ugo | Ị | ịka | u | Ute |
| l | olu | o | obe | ụ | ụtụ |
| gb | igbe | j | njo | v | mbọ |
| m | mma | ọ | ọba | w | Uwe |
| gh | agha | k | oka | y | nyọ |
| n | nkụ | p | opi | z | ọzọ |

## NDỊICHE DỊ N'ABỊDỊỊ UKWU NA ABỊDỊỊ NTA

Oge ọ bụla ị na-ebido okwu ma ọ bụ ahịrịokwu, ị ga-eji mkpụrụedemede ukwu malite ihe odide gị

## Imaatu:

Aka 'A' nke a kara ihe 'okpuru bụ mkpụrụedemede ukwu.

Mana oge ị na-edepụta okwu ma ọbụghị mbido ị ga –eji mkpụrụedemede nta depụta ya. ịmaatụ; Aka 'a' nke a kara ihe n'okpuru bụ mkpụrụedemede nta.

## IHE OMUME NKE ABỤỌ

1. Ụzọ ole ka e kebiri mkpụrụedemede Igbo?
2. Depụta mkpụrụedemede nta  na usoro ya.
3. Were mkpụrụedemede nta nke ọ bụla mebe otu okwu otu okwu.
4. Depụta ụzọ abụọ e kebiri mkpụrụedemede Igbo.

## NCHỊKỌTA

- Ọ bụ n'afọ 1961 ka e wepụtara usoro odide mkpụrụedemede Igbo nke e ji ede Igbo ugbu a..
- Aha onyeisi chịkọtara usoro odide a bụ Dokita Ọnwụ.
- Ọ bụ n'afọ 1972/73 ka e mere nhazi a gbasara mkpụrụ edemede Igbo dịka usoro ọ dị ugbua.
- Mkpụrụ mkpụrụedemede Igbo dị iri atọ na ịsii.
- E kebiri mkpụrụedemede Igbo ụzọ abụọ. Ha bụ: Mbochiume na Ụdaume.
- Ọ bụ abịdịị ukwu ka eji ebido okwu ma ọ bụ ahịrịkwu okwu.

## NNWALE

1. Kedụ uru mkpụrụ mkpụrụedemede Igbo bara?
2. Depụta mkpụrụedemede ukwu niile mebe okwu abụọ maka nke ọ bụla .
3. Were mkpụrụedemede ukwu niile mebe okwu abụọ.
4. Kọwaa nke ọma ihe ị maara gbasara mkpụrụabịdịị Igbo.
5. Olee otu ndịịche dị n'etiti mkpụrụabịdịị ukwu na ndị nta.

**AZIZA NIILE MAKA IHE OMUME ANA NNWALE NỌ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

### EDENSIBỊA

Oraka, L.N. et al. (1985) *Igbo Sekọndịrị Nta: Akwụkwọ nke Abụọ*. Enugu Fourth Dimension Publishing Co. Ltd.

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# Yunti 2: Mgbochiume, Ụdaume Na Myiriụdaume

## MMALITE

Na yunit 1, ị mụrụ banyere mkpụrụ edemede Igbo. Ị mụrụ oge mkpụrụasụsụ e ji ede Igbo malitere dịwa ire. Ị matara ole mkpụrụ edemede dị na ụzọ ole ekebiri ha. Anyị matara na e nwere mkpụrụ a edemede nta na nke dị ukwu. Na yunti a, ị ga-amụ gbasara mgbochiume, ụdaume na myiriụdaume.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ , ị ga –enwe ike:

1. Kpọpụta mgbochiume niile dị na mkpụrụ edemede Igbo ma kwuo ole ha dị.
2. Depụta mgbochume ndị bụ ụdamfe n' usoro.
3. Depụta mgbochiume ndị dị na ụdamkpị
4. Kọwaa ụdaume ndị bụ otu ụdaụme mfe na ndị bụ otu ' E' (ụdaume arọ).
5. Depụta myiri ụdaume e nwere na mkpụrụ edemede Igbo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(i) Oge ị na-amụ yunit a nkeji dị iche iche di na ya nke ọma.

(ii) Mee ihe omume niile e nyere gị.

(iii) Gbalịa mekwuo nnwale e nyere gị tupu i lee anya ịhụ azịza ha niile n'azụ akwụkwọ a.

(v) Gbaa mbọ rụtụ aka n'akwụkwọ ndị ụfọdụ e depụtara ebe a.

## NKỌWA OKWU

Mgbochiume nge: - Mgbochiume ndị diri onwe ha.

Ụdamkpị: - Mgbochiume ndị gbara mkpị

Ndakọrịta Ụdaume - Ụdaume si n'otu ịgakọta ọnụ n'okwu

## IHE ỌMỤME

### Mgbochiume

Mkpụrụedemede Igbo kewara onwe ya ụzọ abụọ. Ha bu:

Mgbochiume na Ụdaume: Mgbochiume dị na mkpụrụedemede Igbo dị iri na abụọ na asatọ.

Mgbochiume bụ ndịa:

b, ch, d, f, g, gb, gh, gw, h, j, k, kp, kw, l, m, n, ṅ, nw, ny, p, r, s, sh, t, v, w, y, z. Mgbociume kewara onwe ya ụzọ abụọ. E nwere mgbochiume mkpị we mgbochiume nge.

## MGBOCHIUME MKPỊ

Mgbochiume mkpị dị itoolu. Ha bụ ndị a: ch, gb, gw, gh, kp, kw, nw, ny, na sh.

A na-akpọ ha mgbochiume mkpị n'ihi na ha gbara mkpị. Mgbochiume ndị a a bụ ndị nwere mkpuruedemede abụọ e dekọtara ọnụ ma ha nwere otu ụda.

## MGBOCHIUME ỤDANGE

Mgbochiume ndị a bụ nge dị iri na itoolu. Ha bụ ndị a: b, d, f,g, h,k, l, m, n, ṅ , p, r, t, v, w, y, z,. A na akpọ ha ụdange n' ihi na ha dịịrị onwe ha. E nwere mkpụrụedemede a na-akpọ myiriụdaume. Ha dị abụọ. E nwekwara mgbochịume ndị a na-akpọ Ụdaimi. Ha bụ ndị a:, m, n, nw, ny, ṅ.

## IHE OMUME NKE MBỤ

1. Ole ka mgbochiume Igbo dị?
2. Ụzọ ole ka e kebiri mgbochiume Igbo. Olee ihe e ji akpọ ha Ụdange.
3. Depụata ụdange niile dị n' ime mgbochiume Igbo. Olee ihe e ji akpọ ha Ụdange.

## ỤDAUME

Ụdaume e nwere na mkpụrụedemede Igbo dị asatọ. Ha bụ ndị a: a, e, i, ị o, ọ, u, ụ. Ụdaume na –eme ka mkpọpụta okwu nwee isi. Ọ bụrụ na e wepusịa ụdaume n'okwu, okwu ahụ agaghị enwe nghọta. Nke a pụtara na inweta mkpụrụ okwu Igbo agaghị adị ire.

Ụdaume anọ ndị a kewara onwe ha ụzọ abụọ. E nwere Ụdaume mfe ma ọ bụ otu 'A' ebea: a, ị, ọ, ụ Lee otu e si eji ha emebe okwu:

a = aka

ị = ịsụ

ọ = ọkụ

ụ = ụbọ

Ụdaume asatọ ndị. A na-akpọ ha ụdamfe n'ihi na oge a na-akpọpụta ha, ha na-adị mfe n' ọnụ. Ụdaume otu ''A'' bụcha ntụpọ n' okpuru ha ma e wezuga ''a'' n' onwe ya.

E nwerekwara ụdaume otu ''E'' ma ọ bụ ụdaume arọ. Ha dị anọ. Lee Ụdaume arọ ebe a, e, I, o, u. Lee otu e si eji ha emebe okwu:

e = eke

i = isi

o = oke

u = ube

Ana-akpọ ha ụdaume arọ n’ihi na ha na-adị aro n’onu oge a na-akpọpụta ha.

Ihe dị iche n’ otu ụdaume arọ na ụdaume sitere n’ otu ụda bido okwu, ‘’ụdaume niile ga-anọ n’okwu ahụ ga- esikwa n’otu ahụ. Ndakorịta ụdaume nwekwara ike bụrụ ụdaume sitere n’ otu otu ịgakọta ọnụ n’okwu

**ỌMỤMAATỤ NDAKỌRỊTA ỤDAUME**

Iji Ụdaume Mebe Okwu

Udaume Mfe (Otu A)

a = aka

ị = ịsụ

ọ = ọkụ

ụ = ụdọ

Udaume Arọ (Otu E)

e = ego

i = isi

o = obe

u = ube

**Chaatị Ndakọrịta Ụdaume**

**IHU** **AZỤ**

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| I | ị | Ụdaume mfe | u | ụ |
| E | a | Ụdaume arọ | o | ọ |

## IHE OMUME NKE ABỤỌ

1. Depụta ụdaume niile e nwere n’Igbo.
2. Kedụ ụzọ ole e kebiri ụdaume Igbo?
3. Depụta ụdaume arọ niile (Otu E) ma kọwaa ihe e ji akpọ ha udaume arọ?

## MYIRIỤDAUME

Myiriụdaume na-arụ ọrụ dị da ụdaume. Myiriụdaume na-ebu akara ụdaolu dị ka ụdaume. O nwekwara ike buru nkejiokwu nke aka ya.

Myiriụdaume na eme ka mkpipụta mkpụrụokwu dị ire. Ọ bụ n’ime ka e si akpọpụta myiriudaume. Myiriụdaume abụọ ndị a e nwere n’ Igbo nwere ke ịnọkọta ọnụ n’ okwu.

**Imaatụ:**

**M** = Mma (Knife)

Mma(beauty)

N = Nzụkọ (meeting)

Nnọko (gathering)

Nne (mother)

Nna (father)

Ọ dị mkpa ịmata oge mkpụrụokwu bụ mgbochiume na oge ọ bụ myiriudaume. Ọ bụrụ na /M/na/N/bụ myiriụdaume gatasaịa n'okwu. Ihe na –eso ya abụrụ mgbochiume.

**Ịmaatụ:**

Mma (Knife)

Mmiri (water)

**IHE OMUME NKE ATỌ**

A Ebe myiriudaume si adapụta bụ___________________________

N'ọnụ

N'imi

N'akpọ

Na nkọlọ

B Nna: Mkpụrụdaasụsụ nke mbụ a kara ihe bụ_____________________

Ụda

Myiriụdaume

Myiriụdaume

Myiriụda

CH Depụta Myiriụdaume abụọ ị maara

**NCHỊKỌTA**

Mkpuruedemede Igbo kewara onwe ya ụzọ abụọ: Mgbochịume na

Ụdaume.

Mgbochiume dị iri abụọ na asatọ.

Mgbochiume kebiri onwe ya ụzọ abụọ: Udange na Ụdamkpị

Ụdange dị iri na itoolu

Ụdamkpị dị itoolu

Ụdaume dị asatọ. ‘’Udaume kewara onwe ya ụzọ abụọ. Ụdaume mfe ma ọbu otu ‘’a’ na ụdaume arọ ma ọ bụ otu ‘’e’’

Ụdaume mfe dị anọ, ụdaume arọ, ụdaume arọ dịkwa anọ.

Iwu ndakọrịta ụdaume pụtara ụdaume si n’ otu ịdị na-agakọta ọnụ n’okwu.

## NNWALE

1. (a) Depụta ụdamkpị niile e nwere n’Igbo.
   (b) Olee ihe e ji akpọ ha Ụdamkpị?
2. Depụta mgbochịume niile bụ ụdange.
3. Olee myiriụdaume abụọ e nwere n’ Igbo?
4. See chaatị ụdakọrịta ụdaume. Tinye ụdaume niile ebe ha kwesịrị ịdị.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME ANA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

# Yunit 3: Ndịịche dị n' Etiti Mgbochịume na Ụdaume

## MMALITE

Mkpụrụasụsụ Igbo dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ bụ ya ka anyị ji emebe mkpụrụokwu Igbo. Enwere ọtụtụ mkpụrụasụsụ majupụtara mkpụrụ edemede Igbo dị ka: Mgbochịume, Ụdaume, Myiriụdaume, d.g.z. N'ime yunit a anyị ga- amụ ihe mgbasara ndịịche dị n'etiti gbochiume na ụdaume.

## MBUNUCHE

1. Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:
2. Depụta mgbochiume niile e nwere n' Igbo.
3. Kọwaa ihe bụ mgbochiume
4. Depụta ụdaume e nwere n' asụsụ Igbo.
5. Kọwaa ihe bụ ụdaume.
6. Kọwaa nke ọma ma depụtakwa ndịiche dị n'etiti mgbochiume na ụdaume.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(i) Gụọ yunit a nke ọma ma mata mbunuuche ya. Gbaa mbọ hụ na ị na-aghọta ihe niile e dere gbasara yunit a.

(ii) Gbalịa ka I mee ihe omume niile e nyere gị na nkeji ọ bụla.

(iii) E nwekwara nchịtọta ihe niile ị mụrụ na yunịt a nke ga echetere gị ihe ndị ị mụrụla. Nye ọsịsa nnwale e nyere gị tupu ilezie anya ịmata azịza ndị e depụtara na ngwụcha yunit a.

## NKỌWA OKWU

d.g.z = dịrị gawa zie

Ụdange = mkpụrụ edemede kwụrụ onwe ha.

**IHE ỌMỤMỤ: IHE MGBOCHIUME NA ỤDAUME PỤTARA**

Mkpụrụedemede edemede Igbo dị iri atọ na isii.

## MGBOCHIUME

Mgbochiume bụ mkpurụ ndị na-abụghị ụdaume. Oge a na-ede Igbo,a na etinyekọta ụdaume na mgbochiume. Mgbochiume bụ mkpụrụedemede a na-ahụ ma e wepuchaa ụdaume dị n'asụsụ Igbo. Mgbochiume di iri abụọ na asatọ A na- enwe ebe a na-ejibido ufere oyi mgbe a na- akpọpụta ya nke na-eme ka mkpọpụta ya na-adi werewere

## ỤDAUME

Ụdaume bụ mkpụrụasụsụ dị n' ime edemede Igbo. Ụdaume dị asatọ. Ụdaume na-eme ka mkpọpụta mkpụrụokwu kwe omume. Ụdaume na-abu akara ụdaolu. A naghị enwe ebe a

na-ejibido ufere oyi mgbe a na-akpọpụta ya nke na-eme ka mkpọpụta ya na-adi werewere.

**IHE OMUME NKE MBỤ**

1. Mgbochiume bụ mkpụrụasụsụ a ga-ahuzi ma e wepu________________

   (a) Mgbochiume

   (b) Ụdaume

   (ch) Ụdaokwu

   (d) Ụdachị

2. Ole ka mgbochiume dị?

3. Depụta ụdaume dị na asụsụ Igbo

**NDỊỊCHE DỊ N'ETITI MGBOCHIUME NA ỤDAUME**

Ndịịche dị n'etiti mgbochiume na ụdaume bụ ndị a

1. Mgbochiume dị na'Igbo Izugbe karịrị ụdaume n'ọnụọgụgụ. Mgbochiume dị iri abụọ na asatọ. Ha bụ ndị a: b, ch, d, f, gb, gh, gw, h, j, kp, kw, l, m, n, ṅ, nw, ny, p, r, s, sh, t, v, w, z.
2. Ndịịche ọzọ bụ na mgbochiume kewara ụzọ abụọ. Mgbochiume nwere ụdange ma nwekwaa ụdamkpị. Udange dị iri na itoolu.
3. Depụta ụdaume dị na'asụsụ Igbo.

**NDỊICHE DỊ N'ETITI MGBOCHIUME NA ỤDAUME**

Ndịiche dị n' etiti mgbochiume na ụdaume bụ ndị a:

1. Mgbochiume dị n' Igbo Ịzugbe karịrị ụdaume n'ọnụogụgụ. Mgbochiume dị iri abụọ na asatọ. Ha bụ ndị a: b, ch, d, f, g, gb, gh, gw, h, j, k, kp, kw, lm, n, ṅ, nw, ny, p, r, s, sh, t, v,w,y,z.

   Ụdaume dị na mkpụrụedemede Igbo dị naanị asatọ. Ha bụ.

   ndị a: a, e, i, ị, o, ọ, ụ, u.

2. Ndịiche ọzọ bụ mgbochiume kewara ụzọ abụọ. Mgbochịume nwere ụdange dị iri na itoolu. Ha bụ ndi a: b d f g h j k l m n ṅ p r s t v w y z. Mgbochiume gbara mkpị dị itoolu : Ha bụ ch gh gb gw kp kw nw ny sh. Ụdaume niile ndị a bụ mkpụrụ edemede Igbo nge dị asatọ. Ha bụ: a e i ị o ọ u ụ.

3. Ndiiche ọzọ dị n'etiti mgbochiume na ụdaume bụ na ụdaume na-ebu akara ụdaolu, mana mgbochiume anaghị ẹbu akara ụdaolu. Ịmaatu: Ụdaume bụ akara ụdaolu bụ ndị a: aka (hand) isi (blindness)

4. Ndịiche ọzọ dị n'etiti mgbochiume na ụdaume bụ na ụdaume na-eme ka mkpọpụta mkpụrụokwu kwe omume. E wepu ụdaume mkpụrụokwu Igbo agaghị ekwe mkpọpụta ma ọ bụ nsupe. Ịmaatụ: Adakụ. Ewepusịa ụdaume dị n'ime aha a, ị gaghị enwe ike ịkpọpụtali aha a. I wepucha ụdaume dị n'Adakụ, ihe a ga-ahụzi bụ d, k.

5. Ọzọ ụdaume arụ bụ ntụpọ n'ala. Ha bụ ndị a: ị, ọ, ụ, ebe abụọ bu ntụpọ n'elu. Ha bụ: i na ị. Mana mgbochiume abụọ bu ntụpọ n'elu. Ha bụ ndị a : j na. ń

6. Ọzọ ụfọdụ mgbochiume bụ ụdaimi. Ha bụ: m n ṅ nw ny. Mana ụdaume niile bụ ụda mpụta.

   Nke a pụtara na oge a na –akpọpụta ụdaume, ana-anụ ya nke ọma.

## IHE OMUME NKE ABỤỌ

1. Depụta mgbochiume ise bụ ụdaimi.
2. Kpọpụta ụdaume niile e nwere n'Igbo.
3. Depụta mgbochiume abụọ nwere ntụpọ n'elu

## NCHỊKỌTA

- Mkpuruedemede Igbo dị iri atọ na isii. (36)
- A na etinyekọta mgbochiume na ụdaume na mkpụrụokwu Igbo.
- Mgbochiume dị iri abụọ na asatọ mana ụdaume dị asatọ.
- Mgbochiume nwere ụdaimi mana
- Ụdaume niile bụ ụdampụta.
- Ụdaume na-eme ka mkpọpụta kwe omume.
- Mgbochiume karịrị ụadaume ' ọnụọgụgụ.
- Mgbochiume nwere ụdange ma nwekwaa ụdamkpị ụdaume bụ naanị ụdange
- Ụdaume na-ebu akara ụdaolu ma mgbochiume anaghị ebu ya

## NNWALE

1. Depụta ihe na-eme ka mkpọpụta mkpụrụokwu kwe omume n' Igbo.
2. Olee mgbochiume niile nwere ụdange?
3. Depụta ụdaume atọ nwere ntụpọ n'ala.

4. Depụta nke ọma ndịịche anọ dị n’etiti mgbochiume na ụdaume.

5. Kedụ ụdaume abụọ nwere ntụpọ n’elu

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME ANA NNWALE NỌ NA NGWUCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

Osuagwu, B.I.N. (1977) *Ndị Igbo Na Omenala Ha*: Ibadan, Nigeria; Macmillan Nigeria Publishing Ltd.

## Yunit 4: Ndịiche dị n'etiti Mgbochiume na Myiriụdaume

### MMALITE

Mkpụrụedemede dị iche iche mejupụtara Mkpụrụedemede Igbo. Ụfọdụ n'ime mkpụrụedemede ndị a bụ mgbochiume na myiriudaume. Dị ka anyị mụrụla na yunit 2, mgbochiume dị n'ime mkpụrụedemede Igbo dị iri abụọ na asatọ (28). Anyị mụkwara ụzọ ole e kebiri mgbochiume na ole ha dị.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ yụnit a, ị ga:

1. Kọwapụta mgbochiume e nwere n' Igbo.
2. Depụta myiriụdaume e nwere na mkpụrụ edemede abịdịị Igbo.
3. Kọwaa nke ọma ndịiche ise dị n'etiti mgbochiume na myiriụdaume.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(i) Gụọ ihe niile e dere na yunit a, mata mgbochiume niile e nwere n' Igbo.

(ii) Gụgharịa yụnti a ọzọ iji mata ha bụ myiriudaume na ole ha dị.

(iii) Gbaa mbọ mụta ndiịche dị n'etiti mgbochiume na myiriudaume

(v) E chefukwala ịgba mbọ mee ihe omume niile e nyere gị ya na nnwale dị na y a. Ị mesịa nke a, Ị lee anya n'azụ akwukwọ a iji mata azịza ihe ndị ị merela.

### NKỌWA OKWU

Oge ị na-amụ ihe ọmụmụ a, gbalịa depụtachaa okwu ndị tara gị akpụ n' oghere e nyere gị ebe a. Were ọkwu Igbo chọpụta mpụtara ha ma detuchaa ha.

...................................................................................................................

...................................................................................................................

....................................................................................................................

...................................................................................................................

#### IHE ỌMỤMỤ: MPỤTARA MGBOCHIUME NA MYIRIỤDAUME

Mgbochiume dị na mkpụrụ edemede Igbo dị iri abụo na asatọ. Mgbochiume itoolu. Ụdamkpị dị itoolu.ebe mgochiume nge dị iri na iteolu (19) Myiriụdaume bụ mkpụrụedemede ndị an-arụ ka ụdaume. Ha dị abụọ. Myiriụdume na-ebu akara ụdaolu.

O nwekwara ike bụrụ nkejiokwu nke aka ya, mana dị ka anyị kwurula, ha na-ebu akara ụdaolu ka ụdaume.

## IHE OMUME NKE MBỤ

1. N'ọdịdị ha, myiriụdaume bụ ............................

   (a) Mkpụrụedemede

   (b) Mgbochiume

   (ch) Ụdaume

   (d) Okwu dị mkpa.

(2) Mgbochiume dị na mkpụrụ edemede Igbo dị ..................

   (a) Itoolu

   (b) Iri na otu.

   (ch) Iri abụọ na otu

   (d) Iri abụọ na asatọ.

3. Mgbochiume Ụdamkpị dị .......................

   (a) Iri na otu

   (b) Itoolu

   (ch) Iri na itoolu

   (d) Iri abụọ na asatọ

## NDỊICHE DỊ N'ETITI MGBOCHIUME NA ỤDAUME

E nwere ihe dị gasị iche n'etiti mgbochiume na myiriụdaume

(1) Nke mbụ,mgbochiume dị n' Igbo Izugbe karịrị myiriudaụme n'ọnụgụgụ. Ha dị iri abụọ na asatọ. Mgbochiume dị na mkpụrụ edemede Igbo bụ ndị a: b ch d f g gb gh gw h j k kp kw l m n ṅ nw ny pr r s sh t v w y z. Myiriudaụme dị naanị abụọ. Ha bụ ndị a 'M' na 'N'.

2. Ndịiche ọzọ dị n' etiti mgbochiume na myiriudaụme bụ na mgbochịume kewara onwe ya ụzọ abụọ. Ụdange na Ụdankpị. Mgbochiume Udange bụ ndị a: b d f g h j k l m n ṅ l p r s the v w y z. Ha dị iri na itoolu. Mgbochiume ndị gbara mkpị dị itoolu. Ha bụ ndị a: ch gb gh gw kp kw nw ny sh. Mana myiriudaụme bụ naanị udange. Ha bụ M naN.

3. Myiriudaụme abụọ a bụ M na N bụcha. Ụdaimi n'ihi na ọ bụ n'imi ka e si akpọpụta ha. Mana mgbochiume nwegasịrị ụda dị iche iche di ka ụdaike. Ụdandakpụ, Ụdashịị d.g.z.

4. Ndịiche ọzọ dị n'etiti mgbochiụme na myiriudaụme bụ na mgbochịume abụọ bụ ntụpọ n'elu. Ha bụ j na ṅ. Myiriudaụme anaghị ebu ntụpọ ma ncha

5. Myiriudaụme na-ebu akara ụdaolu.

## Imaatụ:

| | | |
|---|---|---|
| Mma | - | beauty |
| Mma | - | knife |
| Nna | - | father |
| Nku | - | fire wood) |

Mana mgbochiume anaghị ebu akara ụdaolu.

Ịma atụ:

Mma ----

Mkpụrụedemede akara ihe n'okpuru bụ mgbochiume.

**IHE OMUME NKE ABỤỌ**

1. Olee mgbochiume abụọ bu ntụpọ n'elu?

2. na-ebu akara ụdaolu.

    (a) Mgbochiume

    (b) Myiriudaụme

    (ch) Mgbochiume mkpị.

3. Otu n'ime mkpụrụokwu ndị a bụ myiriudaụme.

    (a) Mama

    (b) Moto

    (ch) Maka

    (d) Mma

**NCHỊKỌTA**

- Mgbochiume dị na mkpụrụedemede Igbo dị iri abụọ na asato.
- Mgbochiume kewara ụzọ abụọ: Ụdange na Ụdamkpị
- Ụdange dị iri na itoolu
- Ụdamkpị dị itoolu

- Myiriudaụme dị abụỌ
- Mgbochiume na-ebu akara ụdaolu
- Myiriudaụme bụkwa ụdaimi.

## NNWALE

1. Depụta mgbochiume niile e nwere na mkpụrụ edemede
2. Kedu mgbochiume abụọ bụ ntụpọ n'elu?
3. Myiriudaụme na-ebu akara ụdaolu. I kwenyere na nke a:
   (a) Mba
   (b) Ee
4. Were mkpụrụokwu abụọ gosipụta azịza gị.
5. Kọwaa ndịiche abụọ dị n'etiti mgbochiume na Myiriudaụme.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME ANA NNWALE DỊ NAGWỤCHA AKWỤKWO A**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo*. Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu.

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 5: Usoro E Si Eji Mkpụrụedemede Emebe Mkpụrụokwu

## MMALITE

Anyị adịla na mbụ leba anya na’mkpụrụedemede Igbo Izugbe dị ka e nwere ya ugbu a. Anyị gara n’ihu kerie ha n’udị mgbochiume, ụdaume na myiriudaụme. Anyị gosipụtakwara ndịiche dị n’etiti mgbochiume na ụdaume n’otu aka na ndịiche dị n’etiti mgbochiume na myiriudaụme n’aka nke ọzọ. Anyị rụtụkwara aka na ndagba myiriudaụme. Ụsụ rịrị elu ọjị abụghị nwa ụsụ. Yabụ anyị ga-aga n’ihu ileba anya n’ihe gbasara otu e si eji mkpụrụ edemede emebe mkpụrụokwu.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ a, ị ga-amejupụta mbunuche ndị a

(i) ị ga-akọwa mkpụrụedemede Igbo nke ọma.

(ii) ị ga-edepụta mkpụrụedemede ndị a n’uju.

(iii) ị ga-akọwapụta usoro dị iche iche e nwere ike iji mkpụrụ edemede mebe mkpụrụokwu Igbo.

(iv) ị ga-agbaso usoro a wee mepụta otụtụ mkpụrụokwu Igbo

## USORO ỌMỤMỤ IHE

Ọ na-abụ onye gbaa bọọpụ ọ rachaa oroma. N’iji ghọta ihe ọmụmụ a nke ọma ị ga-agba mbọ gụọ edemede a nke Oma. Nke ọ bụla gbara gị gharịị, ị ga-ejisi ike gụọ ebe anyị nyere nkọwa maka mkpụrụokwu tara akpụ.

### NKỌWA OKWU TARA AKPỤ

Depụta mkpụrụokwu ndị gbara gị gharịị ma chọọ ha n’ọkọwaokwu gị.

## IHE ỌMỤMỤ

Ụdaume, mgbochiume na myiriụdaume dị oke mkpa na mmebe okwu Igbo. Isingwaa dịkwa oke mkpa na mmebe okwu Igbo. Anyị ga-eleba anya otu ihe ndị a si ejiko aka ọnụ n’imepụta okwu Igbo.

MKPỤRỤOKWU NWERE OTU NKEJI

Mkpụrụokwu ndị a na-ebu njiko mgbochiume gbara mkpị na ụdaume.

| Mgbochiume | + | Ụdaume | = | Mkpụrụokwu |
|---|---|---|---|---|
| j | + | i | = | ji |
| s | + | i | = | si |
| h | + | a | = | ha |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| d | + | u | = | du |
| nw | + | a | = | nwa |
| z | + | i | = | zi |

N’aka nke ọzọ ụdaume ma ọ bụ myiriụdaume nwere ike ịkwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụokwu dị ka e, i, ị, o, ọ, m.

Mkpụrụokwu nwere nkeji abụọ. Ụdaume ma ọ bụ myiriụdaume (a, e, i, ị, o, ọ, u, ụ, m, n) na isingwaa na-agakọ iji mepụta okwu ndị a.

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| a | + | ka | = | aka |
| e | + | de | = | ede |
| i | + | si | = | isi |
| o | + | fe | = | ofe |
| m | + | vo | = | mvo |
| n | + | ne | = | nne |

Mkpụrụokwu ndị nwere nkeji atọ.

N’iji mepụta mkpụrụokwu ndị a, ụdaume na isingwaa ọzọ na adakọrịta.

**Ọmụmaatụ:**

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| a | + | kwụ | + | kwọ | = | akwụkwo |
| e | + | yi | + | ri | = | eyiri |
| m | + | bi | + | do | = | mbido |
| n | + | gọ | + | zị | = | ngọzị |
| ụ | + | ta | + | ba | = | ụtaba |

Mkpụrụokwu nwere nkeji anọ. A na-emepụta mkpụrụokwu ukwu ma ọ bụ ndị toro ogologo site n’ijiko ụdaume na isingwaa atọ.

**Ọmụmaatụ**

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| o | + | go | + | lo | + | go | = | ogologo |
| e | + | wu | + | me | + | wu | = | ewumewu |
| ọ | + | ga | + | ni | + | hu | = | ọganihu |
| a | + | kọ | + | ma | + | kọ | = | akọmako |
| e | + | gwu | + | re | + | gwu | = | egwuregwu |

## IHE OMUME: ZAA AJỤJỤ NDỊ A

(a) Olee uru mgbochiume na ụdaume bara na mmepụta okwu Igbo?
(b) Depụta isingwaa ise ma were ha mepụta mkpụrụokwu Igbo ise.

## NCHỊKỌTA

Na mọdụụl a anyị agbaala mbọ ịmụ ihe gbasara mkpụrụedemede Igbo. Na mbụ anyị edepụtala mkpụrụ edemede Igbo dị ka e nwere ya ugbu a. Anyị agaala n'ihu site n'idepụta mgbochiume, ụdaume na myiriụdaume. Anyị akọwaala n'uju usoro dị iche-iche e nwere ike isi emebe okwu. Anyị lebara anya otu ụdaume, myiriụdaume na isingwaa si enyere anyị aka imejupụta nke a. Anyị nyere ọmụmaatụ dị iche iche iji mee ka nghọta gị too etoo.

## NNWALE

### ZAA AJỤJỤ NDỊ A

(a) Ụdaume ọ bụ isi sekpu ntị n'imepụta mkpụrụokwu Igbo?
(b) Gosipụta n'uju ọrụ mgbochiume na isingwaa na mmebe okwu Igbo
(c) Were ụdaume ndị a: e, a, o, u, ụ, mepụta mkpụrụokwu ise nwere nkeji atọ

(i) Mepụta mkpụrụokwu ebe isingwaa ndị a ga-ebata
- ta - sha
- sa - ru
- si - ni
- mu - la
- de.

(ii) Were mgbochiume gbara mkpị ndị a mepụta mkpụrụokwu ukwu

ise sh, kw, ny, gw, ch.

### AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME ANA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A

### EDENSIBỊA:

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.*Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 6: IWU Nsụpe Okwu Ndị A Na-Edeko Ọnụ Na Okwu Ndị A Na-Edesa Edesa

## MMALITE

Ọ na-abụ ofe dị mma, ụtara dị mma, akpịrị a na-ekwe egwu, Igbo e dere nke ọma na-adị mma. Nke a ka a chọrọ n’aka nwa akwụkwọ o bụla na-amụ asụsụ Igbo. N’iji nyere gị aka imejupụta nke a, anyị ga-eleba anya n’iwu nsụpe Igbo.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike

(i) idepụta iwu nsụpe Igbo

(ii) igbaso iwu ndị a n’idepụta mkpụrụokwu na ahịrịokwu Igbo

(iii) idezie ndehie dị iche iche a na-ahụ n’edemede Igbo

## USORO ỌMỤMỤ IHE

Ihe ọmụmụ yunit a ga-abụ ngwaa ọgụ iji mejide ọtụtụ ndehie a na-ahụ n’ edemede ụmụakwụkwo.

NKỌWA OKWU

Were ohere a depụta okwu ndi tara akpụ n’ihe ọmụmụ a: myiri ma ọ bụ otu mkpụrụokwu e dapụtara ughoro abụọ dị ka: ngwa, ngwa.

## IHE ỌMỤMỤ

Okwu ndị a na-edesa edesa di ka

Mgbe dị ka na-arụ ọrụ dị ka ihe ịma atụ ma ọ bụ ihe yiri ihe, a na-edesa ya edesa dị ka ọ dị n’ebe a.

(a) Nke m dị ka ya
(b) Ọ ga-eri ji dị ka m kwuru na mbụ
(c) Adamma dị ka nna ya
(d) Nke ugbu a dị ka nke mbụ. O nwere ka ọ ga-esi adị e dekoo dị ka ọnụ. Anyị ga-eleba nke a anya n’okwu a na-edeko ọnụ.

**Ma Ọ Bụ**

Ọ bụ ejiokwu na ma ọ bụ bụ otu mkpụrụokwu na Bekee (or) ma a na-edesa ya ka mkpụrụedemede atọ.

Nke a dị ka mkpụrụokwu atọ.

(e) Nye ya ego ma ọ bụ akwa
(f) Họrọ ndụ ma ọ bụ ọnwụ
(g) Naanị nne gị ma ọ bụ nna gị ga-agbapụta gị

**Ugbu A**

A na-ede nrụala ka ọ kwuru iche n'ebe nkwuwa ọ na-ego nọ dị ka n'ahịrịokwu ndị a.

Nke a bụ mkpụrụokwu abụọ:

(h) Ugbu a ka m malitere
(i) Ihe ọ chọrọ bụ ka ị bịa ugbu a.

**Ọ Bụla**

Dị ka ekwuru maka dị ka otu aka ahụ ka e ji edesa ọ bụla dị ka mkpụrụokwu abụọ.

(j) Ọ ga-eri nke ọ bụla ọ hụrụ
(k) Mgbe ọ bụla o mechara ị bịa

**Nrụaka**

A na-edesakwa nrụaka ndị ọzọ edesa dị ka n'ọmụma atụ ndị a.

(l) Ji a
(m) Nwoke a
(n) Nke a onye ahụ

**Okwu Myirina Abụọ**

Ndị nke a, a na-ede ha iche iche

ọsọ ọsọ

ngwa ngwa

mma mma

ewu ewu

ọcha ọcha

**Okwu Abụọ Nwere Nghọta E Jikọrọ Ọnụ**

A na-edesakwa mkpụrụokwu ndị a edesa dị ka.

ụlọ akụ

ụlọ ọgwụ

onye nkuzị

Nwa agbọghọ

Ụmụ okorọbịa

**Okwu Ndị A Na-Edeko Ọnụ**

Ndị a bụ mkpụrụokwu ndị na-egosi nneji ma ọ bụ nnaji ma ọ bụ aka ọrụ ụfọdụ dị ka ndị a.

nwaada, nwanne, nwanna, ụmụaazị, ụmụnne, nnamochie, nwadiala, oriakụ, dinta, diji, dimkpa, dịọka, diochi.

**Ahaaka**

A na-edekwa ahaaka mmadụ dị ka otu mkpụrụokwu dị ka Chukwuemeka, Umeọkafọ.

## IHE OMUME

(a) depụta okwu ise a na-edesa edesa
(b) deputa mkpụrụokwu ise a na-edeko ọnụ.

**NCHỊKỌTA**

Anyị chọpụtara na odide Igbo nke ọma dị oke mkpa n'ọmụmụ asụsụ Igbo, nke a pụtara na nwa akwụkwọ ọ bụla ga-e ji hie asaa n'anya n ide Igbo n'iji mejupụta ebumnobi a anyị kuziri iwu nsụpe Igbo. Nke a ga-enyere anyị aka ịmata okwu ndị a na-edesa edesa na ndị a na-edeko ọnụ

## NNWALE

(a) Depụta mkpụrụokwu Igbo iri a na-edeko ọnụ
(b) Depụta mkpụrụokwu iri a na-edesa edesa
(c) Dezie okwu ndị a.
  (i) Ha nile
  (ii) ụmụ nwaayị
  (iii) nwoke a
  (iv) ugbua
  (v) ọsọọsọ
  (vi) keike
  (vii) nwa ada
  (viii) ori akụ
  (ix) di nta
  (x) Ume ziru ike

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.*Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 7: Nchịkọta

## MMALITE

Na muduul a, anyị atụleela n'uju ọdịdị kpụrụasụsụ Igbo. Anyị zipụtara mkpụrụedemede Igbo Izugbe n'ụdị a chọrọ ya ugbu a. anyị kụzikwara n'uju ihe ndị dị mkpa gbasara mgbochiume, ụdaume na myiriụdaume, zipụtara ndịịche dị n'etiti ha. Anyị gosipụtakwara usoro e si eji mkpụrụedemede emebe mkpụrụ okwu. Iwu nsụpe anyị kuziri ebe a ga-enyere anyị aka idepụta mkpụrụokwu Igbo nke Ọma. Anyị gosipụtakwara mkpụrụedemede ndị nwere mkpọnaakpọ na mkpọnegbuegbere ọnụ. Ọ na-abụ a gbachaa ọsọ a gụọ maịlị. Ya bụ anyị ga-eleba anya n'ihe ndị a ka anyị nwee ezigbo nghọta.

## MBUNUUCHE

Na agwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike

(i) idepụta mkpụrụ edemede Igbo n'ụdị a chọrọ ya ugbu a.

(ii) okwu mgbochiume, ụdaume na myiriụdaume ole e nwere n'asụsụ Igbo.

(iii) gosipụta ndịiche dị n'etiti mgbochiume ma myiriụdaume.

(vi) kọwaa ihe bụ nkejiokwu.

(vii) gbaso iwu nsụpe Igbo dị ka o kwesiri

## USORO ỌMỤMỤ IHE

Jisie ike gụọ ihe ọmụmụ a nke ọma. Mkpụrụdasụsụ bụ isi sekpu ntị n'ide Igbo. Ya bụ hie aka n'anya mata ya nke ọma. Mee ihe omume ndị e nyere ebe a ma gbaa mbọ jụọ onye nkuzị gị ajụjụ gbasara ihe ọ bụla gbara gị gharịị.

## NKỌWA OKWU

Depụta okwu ọ bụla tara akpụ n'edemede a. jụọ onye nkuzị ka ọ kọwara gị ya. Akwụkwọ nkọwa okwu Igbo ga-enyere gị aka.

## IHE ỌMỤMỤ

### Yunit 1

### MKPỤRỤ EDEMEDE IGBO

Mkpụrụ edemede Igbo dị iri atọ na isịị. Ha bụ:

a b ch d e f  g gb gh gw h i ị j k kp kw lm n ṅ nw nyo ọ p r s sh tu ụ v w y z.

Ị ga-agba mbọ hụ na ị matara ka e si akpọ mkpụrụedemede ndị ka ị ghara ịkpọ ya ka nke ndị Bekee.

Gbaa mbọ ka ị mara ndị nwere ntụpọ dị ka: ị ọ ụ na ṅ. Tinyekwa anya na ndị gbara mkpị. Ha bụ ch,gb gw kp kw nw ny sh.

## IHE OMUME I

Kpọpụta mkpụrụedemede ndị a:

Ch f e gh I j n sh y z.

# MODUUL 3:
# MKPỤRỤEDEMEDE NA NSORO EDIDE

## Yunit 1: Ụdaume na Ọrụ ya n' asụsụ Igbo

### MMALITE

Ị Mụọla maka mkpụrụedemede Igbo. Nke a  Igbo kere onwe ya ụzọ abụọ. Ha bụ Mgbochiume na Ụdaume.  Yunit a na-ekwu maka ụdaume asụsụ Igbo na ọrụ ya.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha nkuzị ị ga-enwe ike:

(a) ịmata ụdaume asụsụ Igbo

(b) ịkwụpụta ole ụdaume asụsụ Igbo dị

(ch) ikwụpụta ụzọ ole ụdaume asụsụ Igbo kere onwe ha.

(d) Iji ụdaume asụsụ Igbo mee okwu dị iche iche.

(e) ịsepụta chaatị ụdaume

(f) idepụta ọrụ atọ ụdaume  an-aru n'asụsụ Igbo.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Gụọ yunit a osịịso ka ị mata isiokwu a na-ekwu maka ya

(b) Site n'ihe omume e nyere gị ka ị were nwayọọ mụọ ihe dị n'isokwu.

(ch) Ị ga-agba mbọ hụ na ị ghọtara nke mbụ tupu ị bawa na ke ọzọ

(d) Were mkpịsị ode depụtachaa  mkpụrụedemede Igbo.

(e) Werekwa mkpịsị odee gị sepụta chaatị ụdaume  asusụ Igbo.

### NKỌWA OKWU

Ụdaume  mfe/ Ndị otu 'A' , a, ị, ọ, ụ

Ụdaume arọ/Ndị otu "E": e, I o, u,

### IHE ỌMỤMỤ

Ụdaume  Asụsụ Igbo dị asatọ. Lee ha ebe a: a, ị, ọ,ụ,e,i,o,u. Ha kere onwe ha ụzọ abụọ. Otu ụzọ bụ ụdaume mfe ma ọ bụ ndị otu  "A". Lee ha ebea:a ị ọ ụ. Ụzọ nke abụọ bụ ụdaume arọ ma ọ bụ ndị otu E. Lee ha ebea: e,i,o,u. Inekwara ihe depụta ike n' ụzọ etu a.

Ụdaume asụsụ Igbo:

(i) Ụdaume mfe/Ndị otu  "A"     (ii)  Ụdaume arọ/Ndị otu 'E"

| | | | |
|---|---|---|---|
| (i) | a | (i) | e |
| (ii) | ị | (ii) | i |
| (iii) | ọ | (iii) | o |
| (iv) | ụ | (iv) | o |

E ji ụdaume asụsụ Igbo emebe mkpụrụokwu dị iche iche n’ asụsụ Igbo. Anyị anaghị enwe nsogbu oge a na-akpọpụta ụdaume. Ọnu na ire anyị anaghị enye anyị nsogbu oge a na-akpọpụta ụdaume kama ha na –enwe ọnọdụ dị iche iche oge a na akpọpụta ụdaume.

## Ọmụmaatụ

(a) /ị/ bụ ụdaume nke mbụ. Ọ bụ ụdaume ntachi keihu na kenjasa. Ire na ala elu n’ihu egbugbere ọnu na ajasa, ebe akpịrị na atachitụ atachitụ mgbe a na-akpọpụta ya.
(b) /i/ Keihu, atachitụ elu, njasa. Ire na -alatụ elu n’ihu, egbugbere ọnụ na ajasa ajasa, ebe akpịrị na-atachịtụ atachitụ mgbe a na-akpọpụta ya.
(c) /e/ Keihu, nghetụ, keala, njasa. Ire na alatụ ala n’ihu, egbugbere ọnụ na ajasa ajasa, ebe akpịrị na eghezu eghezu mgbe a na-akpọpụta ya.
(d) /a/ Keihu, nghezu, keala, njasa. Ire na-alatụ ala n’ihu, egbugbere ọnụ na ajasa ajasa, ebe akpịrị na-eghezu eghezu mgbe a na-akpọpụta ya.
(e) /ụ/ Keihu, ntachị, elu, keọrọghọrọ. ire na-ala n’azu, egbugbere ọnụ na-agba ọrọghoro ma ọ bụ chọkọpụ echọkọpu mgbe a na-akpọpụta ya.
(f) /u/ Keazụ, ntachị, kelu, keorọghọrọ. Ire na –alatu elu n’azụ, egbugbere ọnụ na agba ọrọghọrọ ma ọ bụ chọkọpụ echọkọpụ mgbe a na-akpọpụta ya.
(g) /o/ Keazụ, nghetụ, keala, keọrọghọrọ. ire na-alatụ ala n’azu, egbugbere ma na-agba ọrọghọrọ ma na-akpọpụta ma ọ bụ achọkọpụ mgbe a na-akpọpụta ya.
(h) /ọ/ Keazụ, ghezu, keala, keọrọghọrọ. Ire na-ala ala n’azụ egbugbere na echọkọpụ ebe akpịrị na-eghezu eghezu mgbe a na-akpọpụta ya. Lee chaatị ya ebe a

| Ihu | Etiti | Azụ |
|---|---|---|
| Ntachi | | |
| Ntachitụ | | |
| Nghetụ | | |
| Nghezu | | |

Ụdaume na-arụ ọtụtụ ọrụ dị iche iche n’ asụsụ Igbo

## Ọmụmaatụ

(i) Ọ bụ na naanị ụdaume na myiriụdaume ka a na na-etinye akara ụdaolu iji gosị ihe dị iche
n’ okwu ndị yiri onwe ha dị ka:

| | | | |
|---|---|---|---|
| (a) | ákwá | - | ibe akwa |
| (b) | àkwá | - | ịta akwa ọkụkọ |
| (ch) | ákwà | - | ụwe ihe a na-eyi n’ahụ |
| (d) | àkwà | - | ihe e ji eti ụra |
| (a) | óké | - | nwoke |

| | | | |
|---|---|---|---|
| (b) | ókè | - | agbataobi |
| (ch) | òké | - | anụ nata nwere ụkwụ anọ |
| (d) | òkè | - | nke gị/ihe ruturu mmadụ |

(ii) E ji ụdaume emebe mkpụrụokwu dị iche ịche dị ka

(a) A: aka, anya, akpa, akpị, agba
(b) ị: ịgba, ịga, ịri, ịma, ịcha
(c) ọ: ọcha, ọma, ọrụ, ọka, ọmimi
(d) ụ: ụlọ, ka, ụta, ụtaba, ụtụ
(e) e: eke, ele, ekwe, ego, enyo, enyi
(f) o: oche, oke, odu, odo, oke
(g) i: isi, imi, ise, ike, igwe.
(h) u: ute, ube, ume, udo, unere

(iii) Ụdaume asụsụ Igbo na-arụ ọrụ dị ka nnọchimpesịn

**Ọmụmaatụ**

| | | |
|---|---|---|
| A | = | A chịrị ọchị |
| A | = | A kwara emu |
| A | = | A kụrụ aka ebe a |
| E | = | Siri ji. |

(iv) Ụfọdụ ụdaume na-arụ ọrụ dị ka nnochiaha dị ka ọ, o, ị ,i

(a) Ọ siri ji
(b) Ọ gara ahịa
(c) Ị gara ahịa
(d) Ị bụ gịnị?

(v) E ji ya amalite mkpụrụokwu dị ka enyo, ogo, aka, isi, ọcha, ute, ịga.

(vi) Ọ na-akwụsị ọtụtụ mkpụrụokwu dị ka ọkụ, akwụkwọ, elu.

## IHE OMUME 1

(a) Ụdaume asụsụ ịgbo dị
(b) Ụdaume asụsụ Igbo kere onwe ya ụzọ ole
(c) Ọ bụ na naanị-na-ka a na-etinye akaraụdaolu.
(d) E ji ya emebe mkpụrụ n’asụsụ Igbo.

## IHE OMUME II

Depụta ụdaume asụsụ Igbo ebe ha kwesịrị ịdị.

| (i) | Ụdaume mfe/Ndị otu ‘A’ | (ii) | Ụdaume arọ/Ndị otu ‘E' |
|---|---|---|---|
| a | - | a | - |
| b | - | b | - |
| ch | - | ch | - |
| d | - | d | - |

## NCHỊKỌTA

(a) Ụdaume asụsụ Igbo dị asatọ
(b) Ụdaume asụsụ Igbo kere onwe ya ụzọ abụọ.
(c) Otu ụzọ ụdaume mfe ma ọ bụ ndị otu 'A'.
(d) Ụzọ nke ọzọ bụ ụdaume arọ ma ọ bụ ndị otu 'E'
(e) Ọ bụ naanị ụdaume na myiriụdaume ka a na-etinye akara ụdaolu
(f) Lee chaatị ụdaume nka ị mata ebe ụdaume ọ bụla kwesịrị ịdị

## NNWALE

a. - asụsụ Igbo dị asatọ.

b. - bụ aha ọzọ a na-akpọ ụdaume mfe

ch. - bụ aha ọzọ ụdaume arọ nwere

d. - were ụdaume niile dị n' asụsụ ịgbo mee okwu atọ.

e. - bụ ụdaume keihu, nghezu, kaala, njasa.

f - bụ ụdaume keazụ, ntachị, elu, ọrọghọrọ.

g - bụ ụdaume keazụ, ntachị, elu, ọrọghorọ

gb. - bụ ụdaume keazụ, nghetụ, ala, ọrọghọrọ

gh. - bụ ụdaụme keazụ, nghezu, ala, ọrọghọrọ

gw - Seputa chaatị ụdaume ma debanye ụdaume niile ebe o kwesịrị ịdị

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NWALE DỊ NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBIA:**


Ume. I, A. O. (1989) Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo. Onitsha. Kawuruz & Manilas Publisher Ltd.

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo*.Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# Yunit 2: Nkọwa NdakọrỊta Ụdaume Na Iwu na- Achị Nsụpe Maka Ndakorita Ụdaume

## MMALITE

Anyị amatala na ụdaume asụsụ Igbo dị asatọ. Ha kere onwe ha ụzọ abụọ ya bụ ụdaune mfe na ụdaume arọ. Na yunit a anyị ga-amụ ndakọrịta ụdaume na iwu na achị iwu nsụpe maka ndakọrịta udaume.

## MBUNUUCHE

Na agwụcha nkụzị ụmụaka ga:-.

(a) edepụta ụzọ abụọ ụdaume kere onwe ya.
(b) edepụta ọtutụ okwu ndị e dekọrọ edekọ.
(c) Ha ga-edezi ọtutụ okwu ndị e dekọrọ edekọ.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Gbaa mbo ghọta ihe isiokwu na-ekwu maka ya.
(b) Mụọ ihe di n'isiokwu site n' ihe omume e nyere gị
(c) Gbaa mbọ hụ na ị zatara ajụjụ nke mbụ tupu ị zawa nke abụọ.

### NKỌWA OKWU

Ndakọrịta - ihe dabara adaba

Ndakọrita ụdaume - Ụdaume abụọ si n' otu ụdaume bịakọtara ọnụ n' otu mkpụrụokwu.

### IHE ỌMỤMỤ

Ndakọrịta ụdaume bụ ụdaume abụọ si n' otu ụdaume bịakọtara ọnụ n' otu mkpụrụokwu. Ha dakọrịta ebe e ji ha mebe okwu. Ụsoro ngakọ ma ọbụ ndakọrịta ụdaume ka a na-akpọ ndakọrịta ụdaume. Nke a gosiri na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaume nke na-eso iwu ndakọrịta ụdaume. Ụdaume asatọ asụsụ Ịgbo kere onwe ha ụzọ abụọ dị ka ha si agakọ n' otu mkpụrụokwu.

**Nke Mbụ:** Ụdaume mfe/ndị otu "A"

(i) e

(ii) i

(iii) o

(iv) u

I lee anya ị ga-ahu na ụdaume nke mbụ nwere ntụpọ n' okpuru ha, ma e wezụga "a" Ụdaume niile dị ebe a na-agakọrịta. Ị lekwa anya nke ọma ị ga-ahụ na ụdaume nke abụọ enweghị ntupọ n' okpuru ha. Ụdaume niile dị ebe a na- agakọ ọnụ.

Iwu na-achị iwu nsụpe maka ndakọrịta ụdaume Igbo kwuru sị na ụdaume ndị nwere ntụpọ na-agakọrịta n'otu mkpụrụokwu ebe ndị na-enweghị ntụpọ na-agakokwara onwe ha. Nke a pụtara na ụdaume mfe na ụdaume arọ enweghị ike ịgakọrita. Iwu na-achị iwu nsụpe make ndakọrita ụdaume sịrị na a ga-esi n' otu otu ụdaume emebe okwu. Ị gaghị esi ụzo adabaghị adaba emebe okwu, okwu a ga-emebe ga-adabarịrị adaba. Ọ gaghị abụ egwu agwara ọgwa.

Nwaamala Igbo na –emebe okwu ga-agba mbọ hụ na okwu o mebre si n'otu otu ụdaume puta nke ka ndị mkpụrụokwu nkeneke.

**ỌMỤMAATỤ**

A Ụdaume mfe/NdỊ otu 'A'

| | | |
|---|---|---|
| a | = | aka, akwụkwọ |
| ị | = | ịkọ, ịma |
| ọ | = | ọcha, ọnọdụ |
| ụ. | = | ụzọ, ụgwọ |

B Ụdaume arọ/Ndị otu 'E'

| | | |
|---|---|---|
| e | = | ewu, ehi |
| i | = | igwe, ibe |
| o | = | oche, Okeke |
| u | = | ukwu, ude |

Ụdaume ndị a niile dabara n'iwu na-achi iwu nsụpe maka ndakọrita ụdaume. Iwu ndakọrịta ụdaume bụ ụdaume bụ ntọala nsụpe Igbo.

E nwere mgbe iwu ndakọrịta ụdaume anaghị adị ire. A na- akpọ nke a nnupu isi na ndakọrịta udaume.

**ỌMỤMAATỤ**

(i) Okwuọkpụ

akpo

(ii) Okwu mbite

Rekọdụ

Pensụlụ

(iii) Mkpụrụokwu ndị e bukọtara ọnụ dị ka

Nwanneka Akụjuobi

Nwakaego Iwuagwu

(iv) Okwu ndekọta ọnụ

Aha si na mkpụrụokwu abụọ

di + nta – dinta

di + mgba – dimgba

(v) Aha si n’ ezi na ụlọ pụta

nwanne

oriakụ

## IHE OMUME I

(a) Usoro ngakọ ụdaume a na-akpọ ka

(b) Iwu sịrị na a ga-esi n’ otu ụdaume emebe mkpụrụokwu bụ?

(ch) Depụta aha ụdaume abụọ e nwere n’asụsụ Igbo.

## NCHỊKỌTA

Ụdaume Igbo kere onwe ha abụọ n’usoro ha si agakọrita na mkpụrụokwu.

Ụdaume ndị nwere ntụpọ na ndị na enweghị anaghị agakọ n’ otu mkpụrụokwu ọgwụla ma ọ bụ mkpụrụokwu ndị okpu, okwu e bitere n’ asụsụ ọzọ, ahammadụ okwu ndekọta ọnụ.

Ndakọrịta ụdaume na-enyere anyị aka ịsụpe mkpụrụokwu Igbo nke ọma.

## NNWALE

Zaa ajụjụ niile di eba

(a) bụ ndakọrịta ụdaume

(b) Iwu naachị ịwu nsụpe maka ndakọrịta ụdaume bụ.

(ch) Dezie okwu ndị a ka ha daba n’ihe a kụziri gị ebe a

(i) aro =

(ii) ake =

(iii) ọchị =

(iv) azu =

(v) ọdu =

(vii) ita =

(viii) oche =

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ**

## EDENSIBỊA:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 3: Okwu Ndị Dabara n'Iwu Ndakọrịta Ụdaume Na Okwu Ndị Adabaghị Na Iwu A

## MMALITE

Anyị amatala ihe ndakọrita ụdaume bụ na iwu na-achị iwu nsụpe maka ndakọrita ụdaume. Na yunti a anyị ga-amụ maka okwu ndị dabara na ịwu ndakọrịta ụdaume na okwu ndị adabaghị na iwu a.

## MBUNUUCHE

Na agwụcha nkụzị ụmụaka ga-aza ọtụtụ ajụjụ gbasara ihe a kuziri ha.

(a) Ha ga-edepụta okwu iri kwetara n' iwu ndakọrịta ụdaume

(b) Ha ga-edepụta okwu iri ekwetaghị n'iwu ndakọrịta ụdaume

(ch) Ha ga-ekwukwa ihe mere e ji asị na okwu ụfọdụ kwetara mana okwu ụfọdụ ekwetaghị n' iwu ndakọrịta ụdaume.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Gbaa mbọ ghọta ihe a na-ekwu n' isiokwu.

(b) Gụọ ihe omume e nyere gị nwayọọ ka ị ghọta ihe a na akuzi na ya.

(ch) Gbaa mbọ hụ na ị zatara ajụjụ nke mbụ tupu izawa ajụjụ nke ọzọ

(d) Depụta ọmụmaatụ ụdaume mfe na ụdaume arọ tupu i bido iza ajụjụ ọ bụla.

## NKỌWA OKWU

Ụdaume Mfe: Ụdaume mfe nwere ntụpo ma ewezụga 'a' na-agakọrịta n'otu mkpụrụokwu

Ụdaume Arọ : Ụdaume ndị enweghị ntụpọ na agakọrịta n' otu mkpụrụokwu.

Edebeghị iwu:ekwetaghị n' usoro a

### IHE ỌMỤMỤ

Okwu ndị dabara n'iwu ndakọrita ụdaume bụ ụdaume ndị si n'otu otu dakọrịtara ọnụ n' otu mkpụrụokwu. Ha kwetara n'iwu ndakọrịta ụdaume. Ha anaghi emere iwu ndakọrịta ụdaume isi ike. Lee ụfọdụ ndị ahụ.

Ụdaume mfe/ Ndị otu "A"

| | | | |
|---|---|---|---|
| (a) | a | = | aka, anya, akwụkwọ |
| | ị | = | ịta, ịga, ịko |
| | ọ | = | ọka, ọku |
| | ụ | = | ụlọ, ụdọ |

Ụdaume arọ/ndị otu ‘E’

| | | |
|---|---|---|
| u | = | enyi, enyo |
| i | = | ise, ime |
| o | = | oche, ogene |
| u | = | ude, ute |

Anyị ga-amụta na ụdaume dị na mkpụrụokwu ọ bụla nwere nkejiokwu abụọ, atọ ma ọ bụ karịa ga-adakọ, ya bụ na ha ga-esi n’ otu ụdaume pụta. ‘Lee ụfọdụ ọmụmatụ ebe a.

(a) Mkpụrụokwu ndị nwere nkejiokwu abụọ: aka, ise,

(b) Mkpụrụokwu ndị nwere nkejiokwu atọ: Okeke, akwụkwọ

(ch) Ndị were nkejiokwu anọ: Mkpọkọta, ndụmọdụ

(d) Ndị were nkejiokwu ise: ndakọrịta, ahịrịokwu

(f) Ndị were nkejiokwu isii: omemgbeoji, otusiladị.

Ebe ụfụdụ n’ ahịrịokwu a,e,i,ị, o,ọ, na Arụ ọrụ dị ka nnọchiaha. Ọ bụ iwu na nke ọ bụla n’ime ha bụ ngwaa ma ọ bụ nyemaaka ngwaa na-esote ha ga-adakọ dị ka ‘ị’ na ‘ọ’ bụ nnọchịaha ‘ga’ na ‘na’ bụ nyemakwa ngwaa. ‘Ị’ na ‘ọ’ si n’otu ‘A” (Ụdaume mfe) ya bụ na ha abụọ dakọrịtara.

Ebe ọzọ a na-enwe okwu ndị debere iwu ndakọrịta ụdaume bụ na ntịmiwu. Mgbe ọ bụla anyị kwupụtara mkpụrụokwu ndị ahu bụ okwu ntimiwu, anyị ga-ahụ na ụdaume dị na ha na-adakọ. Ụfọdụ na mkpụrụokwu ndị ahụ bụ ntimiwu bụ:

Sie !

Gaa !

pụọ!

Okeke sie nri !

Ngọzi gaa ahịa !

pụọ n’ụzọ !

jụọ ya ajụjụ !

Anyị na-enwekwa okwu ndị kwetara n’iwu ndakọrita ụdaume ebe mkpụrụokwu na-egosị jerọndụ dị ka oriri, omume, opụpụ, ojije.

## OKWU NDỊ ADABAGHỊ N’ IWU NDAKỌRỊTA ỤDAUME.

Ndị a bụ okwu ndị ekwetaghị n’iwu ndakọrịta ụdaume. Ha na-emere ya isi ike. Okwu ndị a adabaghị n’ iwu ndakọrita ụdaume n’ihi na ụfọdụ n’ime ha si.

‘n’ ụdaume mfe ebe ụfọdụ si n’udaume arọ.

Lee ọmụma atụ okwu ụfọdu okwu si n’ụdaume arọ:

Aha mmadụ ma ọ bụ mkpụrụokwu ndị e bukọtara ọnụ.

(a) Akụrienne, Nnanyelugo, Ikemefula

(b) Okwu ndị e bitere ebite:

Okwu mbibi ma ọ bụ okwu ndị esị n'asụsụ ọzọ bite ndi dika: Sekọndirị, Amerika, Rekọdụ, Sayensị, Agidi, Ashawo.

(ch) Osuagwu, Emenanjọ. Ọruchalụ

## IHE OMUME 1

Depụta okwu iri na -egosipụta ebe e nwere ndakọrịta ụdaume

## IHE OMUME II

Depụta okwu iri na-egosịpụta ebe a na-enweghị ndakọrịta ụdaume.

## IHE OMUME II

(a) Olee ihe mere na okwu ụfọdụ dabara na iwu ndakọrịta ụdaume.

(b) Olee ihe mere na okwu ụfọdụ adabaghị iwu ndakọrịta ụdaume?

## NCHỊKỌTA

Okwu ndị dabara n'iwu ndakọrita ụdaume bụ okwu ndị si n' otu ụdaume dakọrịta onụ n' otu mkpụrụokwu.

Ọkwu ndị adabaghị n'iwu ndakọrita ụdaume bụ okwu ndị esighị n'otu otu ụdaume pụta.

**NNWALE**

(a) Kedụ n' otu mkpụrụokwu ndị na –ebu kpọmkpọm na-esi an ya apụta?

(b) Kedụ n' otu mkpụrụokwu ndị na-anaghị ebu kpọmkpọm a esi na ya apụta.

(ch) Okwu ndị sị n' otu ụdaume pụta bụ________________________________

(d) Okwu ndị si n' ụdaume abụọ pụta bụ.______________________________

## Azịza Niile maka ihe omụmụ a na nwale dị na Ngwụcha Akwụkwọ a

**Edensibịa**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# Yunit 4: Ihe Akaraedemede Pụtara Na Nkenụụdi Ya.

## MMALITE

Anyị amụọla maka okwu ndị dabara n' iwu ndakọrita ụdaume na okwu adabaghị n' iwu a. Na yunit a anyị ga- amụ maka ihe akaraedemede pụtara na nkenụụdi ya.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha nkuzi ụmụaka ga-aza ọtụtụ ajụjụ gbasara ihe a kụziere ha.

(a) Ha ga-edepụta aha akaraedemede niile enwere n'asụsụ Igbo.

(b) Ụmụaka ga-edepụta ebe a aga-ahụ.

(ch) Ha ga-eji ha mee ahịrịokwu

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Gụọ yunit a nwayọọ ka ị ghọta ihe a na-ekwu maka ya

(b) Ị ga-aghọtarịrị ajụjụ nke mbụ tupu ị zawa ajụjụ nke ọzọ

(ch) Gbaa mbọ hụ ị zatara ajụjụ niile a jụrụ gị

## NKOWA OKWU

Akaraedemede na ezipụta ụdị olu e jiri kwuo okwu

## IHE ỌMỤMỤ

Akaraedemede na -ezipụta ụdị olu e jiri kwuo okwu.

Ma e jiri nwayọọ kwuo okwu ma etiti ya na mkpụ, ọ bụ akarademede na-egosị nke a n'odide.

Lee ụfodụ akaraedemede e nwere n' asụsụ Igbo:

(a) kpọm (.)

(b) rikọmala (,)

(ch) akara ajụjụ (?)

(d) akara kpọrịkọm (;)

(f) akara ngudo ( )

(g) akara uhie (-)

(gb) rịkọm elu (‘)

(gh) akara nseere okwu/akara ngosi/akara ngwu (“ “)

(gw) kpọmkpọm (:)

A. **Kpọm**

A na-etinye ya na ngwucha ahịrịokwu .

Ọmumaatụ: Aha m bụ Obịageli.

Nne m gara ahia.

A na- etinye ya n’ aha mkpirisi dị ka W.A.S.C

W.A S.C- West African Exmination Council

G. C.E - General Certificate of Education

A na-edekwa aha mmadụ ka ọ dirị mkpirisi site n’itinye kpọm dị ka Chukwu, chi .

**B Rịkọm Ala (,)**

Nke a na -egosị ebe enwere obere ezumike n’ahịrịokwu.

Ọmụmaatụ: Nne m zụtara azụ, anụ na okporoko

Aha m bụ Ọbịageli, Ijeoma na Ifeọma.

CH. **Akara Ajụjụ (?)**

Nke a na-egosĮ ebe a jụrụ ajụjụ dị ka

Gịnị bụ aha gị?

Ebee ka ị na- aga?

Ole ka ị na- ere ihe a?

**D. Akara Ntimkpu (!)**

Ọ na-egosị ebe ejiri olu ike kwuo okwu ma ọ bụ e jiri nwayọọ kwuo okwu.

Ọmumaatụ:

Pụọ! Ewo!

Bịa!

Rie nri a!

**E. Akara Kpọmrịkọm (;)**

Nke a na-gosị ebe enwere ogologo ezumike.

Ọmụmaatụ:

(i) Agụ sịrị na ya -aga ikwunne ya: e mesịa ọ gaghịzi

(ii) Okeke sịrị na ya ga-alụ nwaayị dị ọcha; ma ọ lughịzị.

(iii) Ọ nọ nso; ọ pụghị ebe dị anya.

**F. Akara Ngudo ( )**

Nke a na-egosị ebe a na-agudo ihe di mkpa.

Ọmụmaatụ:

Nwanne m nwoke (nke na-eri nri ka jakị) buru nnukwu ibu.

Okeke (onye nke si ala bekee lọta) bụ nwanne m.

**G. Akara Uhie (-)**

A na-ahu ya na nnyemeka ngwaa.

Ọmụmaatụ:

na - agụ, na-esi, na-eri na-ata

**GB. Rịkọm Elu (‘)**

Nke a na-adịkarị oge ‘NA’‘ na-arụ ọrụ mbụụzọ. Ụdaume “a” anaghị apụta ma ụdaumme na-eso.

Ọmụmaatụ:

Ha nọ n’ụlọ

anyị ga-ala n’ụtụtụ.

**GH. Akara ngwu (“ “)**

na -ezipụta ihe mmadụ kwụrụ

Ọmụmaatụ:

(a) Okeke sị, “agụụ na-agụ m?

(b) O tiri mkpu sị, “egwu dịkwa”

(ch) Ngọzị sị, “aha nne m bụ Nneka”

**GW. Kpọmkpọm (:)**

A na-ewebata kpọmkpọm oge mmadụ chọrọ igudo ka 'ihe siri mee n'usoro.

**Ọmụmaatụ:**

Nke a bụ ole anyị dị ga njem ahụ: Ada, Obi, Okere, amaechi na Chinedu.

A na-ewebata kpọkpọm n'edemede mkparịta ụka iji zipụta ihe onye kwuru.

Ọmụmaatụ:

Obi: cheị, Ada, ọ bụ gị dị ihe a?

Ada: Ọ bụ m, Obi, kedụ ka ihe si aga?

Ọ bụkwa kpọmkpọm ka e ji edepụtakarị ebe a na -agụ n' Akwụkwọ Nso dị ka:

Jn: 3:1-5

Lk: 3:24-26

## IHE OMUME 1

Depụta aha akara edemede ndị a n'asụsụ Igbo.:

(a) ;
(b) ,
(c) ?
(d) !
(e) ( )
(f) –
(gb) :
(gw) " "
(g) '

## IHE OMUME II

(a) Gịnị ka e ji akara edemede a (?) eme?
(b) Olee ebe a ga- ahụ akaraemede a(?)
(c) Akara rịkọm na-egosị ____________

**NCHỊKỌTA**

Akaraedemede na-ezipụta ụdị ilu ejiri kwuo okwu.

Nkenụụdị akaraedemde bụ ndị a

kpọm (.)

rikọmala (,)

akara ajụjụ (?)

akara kpọrịkọm (;)

akara ngudo ( )

akara uhie (-)

rịkọm elu (‘)

akara ngwu (“ “)

kpọmkpọm (:)

**NNWALE**

Tinye akaraedemede ebe ha kwesịrị ịdị n’ahịrịokwu ndị a:

(a) Obi bụ nwoke

(b) Azụtara m ose egwusi na azụ n’ ahịa.

(ch) Olee ebe ị na-aga

(d) Anyị na eri ji na agwa

(e) Okeke nọ nime ụlọ

(f) Okeke onye nke si Kadụna lọta ụnyaahụ bụ nwanne m.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE MUME A NA NNWALE DI NA NGWUCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSIBịA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 5: Ịkọwapụta Rịkọm Ala Na Rịkọm Elu na Ọrụ Ha N'ahịrịokwu

## MMALITE

Edemede bụ ọtụ ụzọ e si ama onye gụrụ akwụkwọ. Nke a ka o ji dị oke mkpa na nwata akwụkwọ ọ bula ga-ama ka e si ede Igbo nke oma. I ji mejụpụta nke a akaraedemede dị mkpa. Na yunit a anyị ga-eleba anya n' akaraedemede rịkom na rịkọm elu ọrụ ha n'ahịrịọkwu iji mee ka ịbụru a kwaa a kwụrụ n' ide Igbo.

### MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

(a) ịdepụta ọrụ dị ịche iche rịkom na rịkọm elu na-arụ n' ahịrịọkwu.

(b) ịkwuputa ọrụ dị iche iche rịkọm na rịkom elu na-arụ n'ahịrịọkwu

(ch) itinye akaraedemede ndị a ebe ha kwesịrị ịdị n' ahịrịokwu.

### USORO ỌMỤMỤ

Ị ga-agba mbọ gụọ ihe e nyere gị ebe a.

Ị ga-agba mbọ hụ na ị gbasoro usoro akaraedemee ma ị na-ede ihe n' asụsụ Igbo.

### NKỌWA OKWU

Depụta mkpụrụokwu ndị gbara gị gharịị. Onye nkụzị ga-enyere gị aka akọwapụta ha

### IHE ỌMỤMỤ

Rịtom, bụ akara edide eji egosịpụta obere ezumike.

Rịkọm na-arụ ọrụ ndị a n'ahịrịokwụ:

(i) A na – eji ya ezipụta ihe ndi agụpụtara n' usoro dị ka:

(a) Ọ kọrọ ji, ede , ọka na agwa.

(b) Okeke zigara Emeka, Eze na Obi ahịa

(ch) Mgbe ọ bịara, ịkpọọ m

(i) A na etinye ya tupu e kwuo okwu ihu dị ka na:

(a) Ihe onye nkuzi kwuru bụ, ''dee ọsịịsọ"

(iii) A na etinye ya n'ụbọchị adreesị na aha

20th July, 2000.

17, Emejiaka Steeti, Aba

**RỊKỌM ELU**

Nke a bụ akara edide e ji egosị okwu e kwuru n’ime ahịrịokwu.

Rịkọm elu nwere ike ịdị otu ma ọ bụ abụọ dị ka (‘ ‘) (“ “)

(i) A na-eji ya egosị okwu a chọọrọ ịrụtụ aka karịa:

(a) “Kọmputa’ bụ ihe ọgbara ọhụụ.

(b) Ihe ọ chọrọ bụ “ákwà” ọ bụghị “àkwà”

(ch) Nne m chọrọ “ego” ọ chọghị “ákwà”

(ii) A na –eji ya ezipụta aha edemede (na-abụghị akwụkwọ). Ma ọ bụ aha mmemme na redio na tiivii.

(a) “Ọnwụ” bụ otu abụ dị n’Akpa Uche.
(b) “Igbo Ezukọọ” bụ otu mmemme dị na redio.

(iii) A na- eji ya ezipụta okwu ihu onye.

(a) Onye nkuzi ha gwara ya. “Abịakwala ebe a echi.

## IHE OMUME

(i) Depụta ahịrịokwu anọ iji gosị ọrụ rịkọm

(ii) Depụta ahịrịokwu ise iji gosị ọrụ rịkom elu.

## NCHỊKỌTA

Anyị agbaala mbọ ebe a ịkuziri gị etu e si ede akaraedemede bụ rịkọm na rịkọm elu. Jisie ike gụọ ihe nkuzi a nke ọma.

Ị ga-ejisi ike were nkuzi a mere ihe n’ihi n ọdide edemede Igbo nke ọma bụ akaọrụ nke nwata akwụkwọ ọ bula kwesịrị ima..

## NNWALE

Tinye rịkọm ala na rịkọm elu ebe ha kwesịrị ịdị n’ahịrịokwu ndị a:

(a) Okeke zụtara osikapa agwa na jị.

(b) Nkịta m tara azụ na anụ na ọkpụpọọ.

(ch) Azụtara m nwa m uwe azụ na akpụkpọ ụkwụ.

(d) Onye nkuzi anyị sị bịanụ ebe a.

(e) Nkịta m nọ n’ okpuru oche m.

(f) Ndụ bụ otu abụ dị n’ Akpa uche.

(g) Ihe ọ chọrọ bụ òkè ọ bụghị óké.

(gb) Awka anyị abịanụ bụ otu mmemme dị na redio Steeti Anambra.

(gh) Ụbochị taa bụ Julaị 20, 2000.

(gw) Anyị bi n'ụlọ elu

(h) Okeke kọrọ ji ọka na egwusị

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NGWỤCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSỊBA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo*. Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo*. Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunti 6: Nkọwa Ihe Kpọm Kpọm (:) Na Kpọrịkọm Pụtara na Orụ Ha N'ahịrịokwu

## MMALITE

Yunit a ga-elebe anya n' akara ụfọdụ anyị na-etinye n' edemede Igbo anyị kara ndị a ka anyị na-akpọ akaraedemede.

Anyị ga-akọwa akaraedemede dị ka akara dị iche iche a na-etinye n'edemede iji chọọ edemede anyị mma ma mee ka edemede ahụ nwee nghọta zuru oke.

Asụsụ Igbo nwere akaraedemede dị iche iche dị ka Bekee na asụsụ ndị ọzọ. Anyị hụrụ ụfọdụ na Yunit nke anọ na nke ise. Na Yunit nke isii a, akara edemede ndị anyị ga-eleba anya bụ:

(a) Kpọmkọm (:)

(b) Kpọrịkọm (:)

(ch) Ọrụ ha n' ahịrịokwu

## Mbunuche

Na ngwụcha ihe ọmụmụ Yunit nke a: "Umụakwụkwọ ga-enwe ike:

(a) ịkọwa ihe bụ akaraedemede, kpọmkpọm (:) na kpọrịkọm (;)

(b) ịkọwa mgbe e ji ewebata ha n'edemede.

(ch) itinye akaraedemde ndịa n' edemede ha.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Ị ga-agbaso ihe a kọrọ maka isiokwu ndị dị na Yunit a wee mụo ya.
(b) Nke abụọ leruo ọmụmaatụ niile e nyere maka isiokwu ọmụmụ a, jisie ike nye ọmụmaatụ nke gị
(ch) Gbaa mbọ ka ị mara ma ị mụtala ihe a kụziri.

## NKỌWA OKWU

Jụọ onye nkuzi gị ihe okwu ị maghị pụtara.

## IHE ỌMỤMỤ:

Ụgbu a ka anyị lebazie aya n'ọmụmụ ihe anyị bụ kpọm kpọm na mgbe ọ na-abata n'edemede.

**Kpọm Kpọm (:)**

Kpọm Kpọm (:) bụ otu n'ime akaraedemede e ji ede edemede n'Igbo dị ka anyi kọwara na mbụ. Aha ọzọ e nwere ike ịkpọ ya 'kolon'. Kpọm Kpọm (:) na-abịa ọtutụ mgbe n'edemede, na n'akwukwọ n'edemede, na n'akwukwọ agụmaagụ Igbo ọ bụla.

Kpọm Kpọm (:) na-abata n'edemede, na n'akwụkwọ ogụgụ Igbo ọbụla.

(a) Mgbe a chọrọ ịgụpụta usoro ihe siri mee

**ịmaatụ**

(i) Ndị mụ na ha gara ọrụ ahu bụ; Chika, Eke, Oyibo, na Obi.

(ii) Ndị a hụrụ ya mgbe ọ na-agba ọsọ: Chiọma,. Ada, na Ngozi

(iii) Ọ sị anyị weta ihe ọrụ echi: mma, ọgụ, na mkpirisi osisi atọ.

(iv) Ha chọrọ ihe atọ n'aka anyị: nrube isi, ikwu ezi okwu na ịrụsi ọrụ ike.

(b) Ebe ọzọ akaraedemede Kpọm Kpọm (:) nwere ike ịbata n'edemede bu mkparịtaaka ụka mmadụ abụọ ma ọ bụ karia.

**ịmaatụ**

Okechukwu: Gịnị ka ị na-achọ?

Ngozị: Ana m achọ ego m dafuru adafu.

Okechukwu: I jikwa n'aka na ọ bụ ebe a ka ọ dafuru?

Ngozi: Ee, eji ma n'aka.

(ch) Ebe ọzọ **Kpọm Kpọm (:)** nwere ije ịbata n'edemede bụ iji gosị ebe a ga-agụ n'akwukwọ nso dị ka.

Deut. 5:7-15

Mk 10:1-5

Jsh 20:5-8

N'ebe a **Kpọm Kpọm (:)** na-anọchite anya isi, site n'amaokwu ma o bu usoro nke a ruo na nke ọzọ, ma site otu a mee ka ihe a ga-ede dị nke nke.

## IHE ỌMỤMỤ 1

Leruo edemede ndị a anya, chọpụta be e kwesiri itinye **Kpọm Kpọm (:)** na ha.

(a) Anyị choro ihe ndị a n'aka unu ọkụkọ, ewu, ji na oji, e ji elekọta ndị ọbịa anyị sị Aba abịa maka ịso mpi si na Jn 5:1-8

Na mkparịtaụka a chọpụta ebe **Kpọm Kpọm (:)** kwesịrị ịdị ma tinye ha. Uche, Chiọma si ebee? Chioma Uche nwanne m amaghị m ebe mmiri sị ju nwa awọ ọnu.

Kpọrịkọm (;)

Kpọmrịkọm (;) dị ka aha ya siri dị pụtara na a na-ede kpọm (.) n'elu dee rịkọm (,) n'ala (;). Ọ bụkwa otu n'ime akara-edemde e ji ede edemede Igbo. Mgbe e ji ewebata Kpọmrịkọm (;) n'edemede Igbo bụ mgbe a chọrọ ikewapụ ahịrịokwu abụọ zuru ezu mana ha enweghị njikọ n'etiti ha.

ịmaatụ

(i) I meela; okwu Ị gwara m dị mma.

(ii) Obi nọ ebe a ugbu a, chewe ya ọ na-abịa

(iii) Onye nkuzi abịala; anuru m olu ya.

(iv) Ihu adịghị ya mma; ọ natara ozi ọjọọ.

A na ejikwa Kpọrịkọm (;) ekewapu okwu na okwu na ihe yiri onwe ha n'emeghi mmekorịta dị n'etiti ha.

imaatụ

Odide Igbo rara ahu: a ga-agbali ịmuta ide ya.

(b) Ibite ego dị mfe:ịkụghachị ya dị ọru

(ch) Ọ bụ ọgaranya; o nwere obi ojọọ.

## IHE ỌMỤMỤ II

Leruo ahịrịokwu ndị a anya, ma were Kpọmrịkọm dochie anya njikọ dị na ya

(a) Ube juru n'ahịa ma ego e ji azu ya adịghị.

(b) Ada bịara ọsiịsọ taa maka o tetere n'oge

(ch) Hapụ m aka ka m zuo ike

(d) Ike gwụrụ ya n'ịhị ọ rụrụ oke oru.

(e) Abịaghị m n' oge mana ọhiaghị m ihe.

## NCHỊKỌTA

Na Yunit nke isi a, anyị lebara anya n'akaraedmde Igbo abụọ na-abata n' edemde anyị.Akaraedemede ndị ahụ bụ; Kpọm kpọm (:) na kpọrịkọm; Anyị chọpụtara na ha na-abịa n'edemede anyi kwa mgbe, dị ka.

(a) Iji gosị ihe mere n’usoro..

(b) Iji gosị ihe onye ọ bụla kwuru na mkparịtaụka di n’ etiti mmadụ abụọ ma ọbụ karịa.

(ch) Mbge a chọrọ igosị ebe a ga-agụ n’ akwụkwọ nsọ.

(d) Anyị hụrụ na kpọrịkom nwere ike įnọchị njikọ n’ahịrịokwu

Ọrụ ha n’ahịrịokwu bụ iji mee ka ihe a ga-ede ghara ito oke ogologo. Ha na-emekwa ka e kuru ume tupu a gụda ihe a na-agụ.

## NNWALE

1. Were ọmụmụatụ gosịpụta ebe abụọ kpọm na-abata n’edemede Igbo.

2. Tinye akaraedemede ebe o kwesịrị n’edemede a.

3. Depụta ahịrịokwu ise ma were kpọm rikọm kewapụ n’ahịrịokwu ọzọ.

4. Olee ihe abụọ akaraedemede ji di mkpa?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE ỌMỤMỤ A NA NNWALE Dị NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSIBỊA**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo*. Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 7: Ebe a na-etinye Akara Ngudo na Akara Uhie N'ahịrịokwu; Ọrụ Akara Ajụjụ na Akara Mkpu N'ahịrịokwu.

## MMALITE

Yunit nke a ga-eleba anya n'akaraedemede ndị ọzọ anyị na-ewebata n'edemede Igbo iji chọọ edemede edemede anyị mma.

Akaraedemede ndị anyị ga-arụtụ aka ebe a bụ.

(a) Akara Ngudo ( )
(b) Akara uhie (-)
(c) Akara ajụjụ (?)
(d) Akara mkpu (!)

Anyị ga-amata otu ha dị mgbe e ji ewebata ha n'edemede Igbo. Ị ga-ahụ ọrụ ha na-arụ n'ahịrịokwu.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ yunit nke a ụmụakwụkwọ ga-enwe ike:

(a) ịkọta ihe bụ akara mkpu
(b) akara ajụjụ na akara mkpu
(c) Mgbe e ji ewebata ha n'edemede
(d) Iji akaaedemede ndị a dee edemede ha
(e) Ikwu ọrụ ha na -arụ n' ahịrịokwu.

## USORO ỌMỤMỤ YUNITA

Gụọ mmalite yunit a, ka ịhụ ihe ndị a ga-amụ ebe a.

Gụọkwa ihe ndị e bụ n'uche a ga-amụta tupu ihe ọmụmụ a bịa na ngwụcha.

Lee ọmụmatụ e nyere gị maka isiokwu ndị a niile, ka ọ nyere gị aka ịmepụta ọmụmaatụ nke gị.

Mee ihe niile a gwara gi mee n' ihe omume na nnwale niile. Ọ ga-enyere gị aka ịma ma ịmụtara ihe a kụzịrị na yunit a.

## NKỌWA OKWU

Depụta okwu ndị tara akpụ

Chọọ ha n'ọka asụsụ.

## IHE ỌMỤMỤ

Ugbu a ka anyị lebazie anya n'ọmụmụ ihe anyị.

**AKARA NGUDO ( )**

Gịnị bu akara Ngudo ( )?

Akara Ngudo bụ otu n'ime akaraedemede a na-ewebata n'edemede Igbo nke na-egosị ihe e buchaghị n'uche were na-ede edemede. Akara Ngudo anaghị abata aghara aghara n'edemede. Mgbe ụfọdụ a na-agụpụta ihe ndị a dị n'akara ngudo, ma a gụrụ ya ma agụghị ya, o gaghi eme ka aghara ịghọta ihe e dere ma ọ bụ ihe a na agụ.

**Ịmmatụ**

(a) Ndọm (nwa Ogbuagu) gburu mmadu.
(b) Chinyere gara Kano (I nata ụgwọ ọnwa ya)
(c) Nne m gara Abuja (ile ọmụgwọ).
(d) Isiguzo (onye Uzuakọli) anwụọla.
(e) Nneka (onye Obioma) nọ na mmekpahụ
(f) Onye nkuzi Igbo anyị (Oriakụ Udenze) azụọla ụgboala

Ebe ọzọ akara Ngudo na-abata n'edemede Igbo bụ mgbe a na-ede ihe n'asụsụ Igbo ma achọọ iji asụsụ ọzọ kọwaa ihe edere. dị ka ọ buru na edee ihe n'asụsụ Igbo , ọ nwee okwu, onye na-ede edemede ahụ chọrọ ịkọwa n'asụsụ bekee, ọ ga-etinye nkọwa ya n'akara ngudo, iji gosị na asụsụ abụọ ahụ otu abụghị. (mgbe ụfọdụ kwa asụsụ abụọ ahụ nwere ike bụrụ otu.

### Ịmaatụ

(a) Chibụzọ onye ire abụọ onye asị na-abịa.
(b) Oke (rat) na-ata asụ
(c) Agụ (Lion) wakọrọ ha n'ọrụ.
(d) Oge ụgalị (oge ụkọ ihe oriri) dị njọ
(e) Ọ na-eme ugu lugu (ibereibe)

**Ọrụ ya n'ahịrịokwu**

Ọ na enyere onye na-agụ agụ aka ịghọta ihe mere n'edemede, ọ na agụ.

Ọ na-ekwe ka edemede ghara ito oke ogologo maka ihe dị n'akara ngudo anaghị eto ogologo.

## IHE ỌMỤMỤ:

(a) Deghrịa edemede a ma tinye akara ngudo ebe ọ kwesịrị ịdị.Mgbe a gwara onye nkuzi ha Maazị Okorie ka ọ gaa obodo ọzọ, obi lọrọ ya mmiri iga. (Ezinnachi). Ọ maghị otu o si ebu ihe ubi ya niile ji, ede, akpụ, ọka na ụgụ, aga ụgụ aga.

(b) (i) Ezennaya n'Ụruagụ anwụola.

(ii) Njideka nwunye nwanne m amụọla nwa.

(iii) Ime anyaukwu (greediness) jọgburu onwe ya.

**AKARA UHIE(-)**

Akarauhie (-) bụ akaraedemede a na-ahụkarị n'edemede Igbo niile. Mgbe ọ bụla mmadụ dere edemede karịrị otu ahịrịokwu, tupu I dechaa ya, akarauhie (-) ga-abatarịrị. Ihe mere nke a bụ n'ihi orụ ọ na-arụ n'ahịrịokwu Igbo.

A na-eji akrauhie (-) ejikọta okwu na ibe ya, tụmadụ mgbe 'na' ma ọ bụ 'ga' na-a ọrụ rụ dị ka enyemakangwaa.

**Ọmụmatụ**

(i) Ha na-eri nri.

(ii) Nna Ada na-azụ ahia.

(iii) Ngọzi ga-alụ di echi.

(iv) Anyị ga-ebido ule na Monde.

(v) Onye nkuzi na-akpọ gị oru

(vi) Ha ga-aga Aba taa

(vii) Chidi na-aba mba.

## IHE OMUMU II

Tinye akrauhie ebe o kwesịrị ịdi n'ahịriokwu ndị a

(a) Anyi na-arụ ọrụ Ugbo

(b) Unu ga-abịa echi.

(ch) Nwanne m zụtara m uwe mgbe ọ na alọta.

(d) Onye isi ụlọ akwụkwọ ga-achụ mmadụ ise taa, Eze, Chika, Obi, Ada na Ngọzi.

## AKARA AJỤJỤ (?)

Akara ajuju (?) bụ akaraedemede a na-etinye n'ahịriokwu iji gosị na ọ bụ ajụjụ ka a jụrụ. e dechaa ahịrịokwu iji gosị na ọ bụ ajụjụ ka ajụrụ, ma e tinyeghị ya akara ajụjụ (?), ọ bughịkwa ajụjụ ka ahịrịokwu ahụ bụ.

### Ịmaatụ

(a) Onye bịara?
(b) Ị bụ onye ebee?

(ch) Eze ọ lọtala?

(d) Unu ma onye m bụ?

(e) Gịnị mere ya?

(f) Olee nwanne gị?

(g) Ọ bịara ebe a?

(gb) Ị nọ ebee?

Mgbe ụfọdụ otu mkpụrụokwu nwere ike igosị na ọ bụ ajụjụ ka a jụrụ. Ndị ahụ eji ajụ ajụjụ. Ọ dị otu, a a ga-etinyerịrị ya akara ajụjụ.

**Ịmaatụ:**

| | | | |
|---|---|---|---|
| (i) | Kedụ? | (iv) | Ndaa? |
| (ii) | Gịnị? | (v) | Onye? |
| (iii) | Ọlịa? | | |

**Ọrụ ya n'ahịrịokwu:.**

Ọrụ akara ajụjụ na-arụ n'ahịrịokwu bụ iji gosị na ọ bụ ajụjụ ka an-ajụ. A na-ele anya inweta ọsịsa na ya.

**IHE ỌMỤMỤ II**

(i) Depụta ahịrịokwu ise bụ ahịrị ajụjụ ma tinyechaa akara ajụjụ ebe o kwesirị ịdị.

(ii) Tinye akara ajụjụ ebe o kwesịrị n'edemede a. Ewoo! Nneka ọ bụ gị dị ihe a. Ebee ka Ị nọ kemgbe Ịọtakwaranụ ime gịnị.

**Akara Mkpu.(:)**

Akara mkpu bụ akaraedemede e ji ezipụta mgbe anyị hụrụ ma ọ bụ mgbe anyị nụrụ ihe anyị anaghị atụ anya ya. Ya bu mgbe ihe bịara anyị na mberede.

Mgbe anyị hụrụ ma ọ bụ nụ ihe dị otu a, anyị na-eti mkpu n' olu ike, mgbe ahụ anyị e tinye kara mkpụ(!) Mgbe olu anyị lara elu, onye ọ bụla nọ anyị nso mgbe ahụ ga-achọ ịmata ihe butere olu anyị jiri laa elu n'ike.

**Ịmaatụ**

(i) Tụfịa! Chi m ekwela!

(ii) Ọ bụ arụ!

(iii) Anwụ ọ moo!

(iv) Efu o moo!

(v) Anụọhịa, pụọ ebe a! Ewo! Ahaa!

(vi) He! Jideọfọ akwụọla ụdọ!

(vii) Lee anya!

## IHE ỌMỤMỤ IV

Olee ebe akara mkpu kwesiri ịdị n'ahịrịokwu ndị a?

(a) O gbuola ya o
(b) Hawu! Meela arụ o
(c) Bịanụ Bịanụ o.
(d) O gbuo mo.

## NCHỊKỌTA

Na Yunit nke asaa a, anyị gbalịrị ịkowa akara –edemede anọ na-abata n'edemede an na-abata n'edemede anyị na-ede. Ha bụ

Akara ngudo, (.)

Akara uhie (-)

Akara ajụjụ (?)

Akara mkpu (!)

anyị kwukwara ebe dị iche iche ha na-abata n'edemede Igbo. Asị na akara ngudo na-abata n'edemede mgbe a chọrọ igosị ihe e bughi n'uche dewee edemede ahụ ma ọ ga-enyere onye na-agụ aka ịghọtakwa ihe mere n'edemde ahụ. Akaruhie (-) ka e ji egosi mgbe enymakanwaa 'na' ma ọ bụ 'ga' na-abata n'edemde. Anyị si na ọburu na e tinyeghị ya, o gaghị abụkwa ajụjụ. Lee ọmụmaatụ a

Ọ bịara ebe a.

Ọ bịara ebe?

Ahịrịokwu abụọ a bụ otu, naanị akara ajụjụ zipụtara nke bụ ajụjụ.

Akara mkpụ (!) ka a kọwara na Yunit a dị ka akara na-ezipụta okwu anyi kwuru n'olu ike.

Akaraedemede ndị a niile dịcha mkpa ebe ha kwesịrị ịbata maka ịghọta edemede ahụ nke ọma.

**NNWALE**

1. Depụta aha akaraedemede ndị a

(a) ( )

(b) ?

(ch) -

(d) __

(e) !

2. Tinye akaraedemede kwesịrị n’ ahịrịokwu ndị a:

(a) Nne gị ọ lọtala

(b) Gee ntị gịnị bụ ihe a

(ch) Emeka wetara m ọtụtụ ihe ego, ji, akwụkwọ na mpataka.

3. Were ọmụmaatụ gọsịpụta mgbe akara ngụdo ji abata n’edemede.

4. Dee edemede ga-eru ọkara ịhụ akwụkwọ, zipụta n’edemede gị nwere akarauhie ise

**AZỊZA NIILE MAKA IHE ỌMỤME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSIBỊA**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 8: Ihe Akara Ụdaolu Pụtara Na Nkenụụdi Ya

## MMALITE

Na Yunit a, anyị ga-eleba anya n'ụdaolu na akara ụdaolu nke anyị na-etinye n'edemede anyị iji gosị ụda ọ bula mkpụrụokwu anyị dara ma a kpọpụta ya. Asụsụ igbo bụ asusụ e ji Ụdaolu mara. Ọ bụ Ụda mkpụrụokwu dara ga-egosịpụta ihe ọ pụtara. N'asụsụ Igbo, e nwere ụdaolu atọ na akara ụdaolu atọ e ji ezipụta Ụda nke ọ bụla. Anyị ga-ahu nke a n'ihe ọmụmụ anyị

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ọmụmụ ihe a, ụmụ akwụkwọ ga- enwe ike:

(a) Ịkọta ihe bụ ụdaolu na akara ụdaolu.

(b) Ịkọta ebe a na-etinye akara ụdaolu.

(ch) Ịkanye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

Gụọ ihe niile a kọwara maka Yunit a nke ọma

Mụọ ebe a na –akanye akara ụdaolu na mkpụrụokwu.

Ụdaume na Myiriudaume

Kanye akara Ụdaolu n'elu mkpụrụasụsụ ahụ kpọmkwem

Mee ihe niile a si gi mee n'ihe omume na nnwale.

Ọ ga-enyere gị aka.

## NKỌWA OKWU

Kpọmkwem : ihe ahụ n'onwe ya

Ụdaolu: Otu e siri kpọpụta okwu

Mkpụrụasụsụ: Ihe ndị e ji ewepụta mkpụrụokwu

## IHE ỌMỤMỤ

ỤDAOLU: Ụdaolu bụ ụda mkpụrụokwu dara mgbe a na-akpọputa ya.

Akara Ụdaolu: Akara ụdaolu bụ akara e ji egosị ụda mkpụrụokwu dara ma a kpọpụta ya.

E nwere Ụdaolu atọ n'asụsụ Igbo ma nwekwaa akara Ụdaolu atọ na-ezipụta uda nke ọbụla. Lee ha.:

Ụdaelu (/)

Ụdaala (\)

Ụdansụda –

Lee mkpụrụasụsụ atọ a, mi; do; re; , ọ ga-enyere gị akaima etu nke ọ bụla si ada na ntị ma ị kpọta ya nke ọma.

Ị nwere ike iji ihe ọ bụla mee nke gị

me: /- nọchiteere  anya Ụdaelu (/)

do; nochitere anya Ụdaala (\)

re; - nọchitere anya ụdansụda –

**Ebe a na-akanye akara ụdaolu**

A na-akanye akara ụdaolu na mkpụrụ asụsụ abụọ.

(a) Ụdaume Igbo niile – a,e,i,ị, o, ọ,u,ụ
(b) Myiriụdaume niile – M na N

Ihe  eji akanye ya bụ na mkpụrụasụsụ ndị a na –enwe ụda.

**Ịmaatụ**

Áká M̀gbè

Óké Ǹtụ̀

Ìtè Ńsògbú

Ọ́kụ́

Mgbochiume anaghị ebu akara ụdaolu, maka na ọ naghị enwe ụda.

Ihe ọzo ga-enyere gị aka ịmata akara ụdaolu mkpụrụokwu ga-ebu bụ nkeji ole mkpụrụokwu ahụ nwere  nke anyị na-akpọ nkejiokwu.  Nkejiokwu bụ nkume ole a na-eku tupu akpọpụta mkpụrụokwu.  Okwu nwere nkejiokwu  abụọ ga-enwe akara ụdaolu abụọ.

Ò/ké/  - 2

Ọ̀/kụ́/kọ̀ - 3

Ị ga-ahụ na okwu nwere nkeji abụọ nwere akara ụdaolu abụọ nke nwere nkeji okwu atọ nwere akara ụdaolu atọ.

Ka anyị kanyezie akara ụdaolu na mkpụrụokwu atọ iji maatụ.

Ụdaelu:  (/) m

Jí    ńrí

Ísí    mmánú

Échí   ńkwụ́

Ósísí

Ụdaala:  (\) d

Àgbà □ǹkàta

Àkù èbèlè

ụ̀□wà

ìsà

**Ụdansụda:**(–) r

Égō

ọ́nū̩

ézē

ḿmā

**Ụdaelu na Ụdaelu (/)** m: d:

Ḿbè

Ézè

Ńnà

Ḿḿádụ̀

ńdụ̀

Ụdaala na Ụdaelu (/) d: m

Àkwá àzụ́

ụ̀bé èké

m̀gbú

**Okwu ndị nwere otu nkeji na otu nsụpe**

Àkwà

Ákwà

Ákwá

Àkwá

Ọkụ

I lee okwu ndị a, anya naanị ụda na akara ụdaolu ha bụ ga-agwa gị ihe ha pụtara:

## IHE OMUME

(i) Tinyechaa akara ụdaolu kwesịrị na mkpụrụokwu ndị a, osisi, udele, egbe, efee, azịza, nkwu mkpụrụokwu, mma, ero, ebere

(ii) Were akara ụdaolu gosịputa nghọta abụọ mkpụrụ okwu ndị a nwere oke afọ,mma, ụzọ, obi.

## NCHỊKỌTA

Isiokwu ndị anyị kọwapụtara na Yunit a bụ ụdaolu na akara ụdaolu na nkenụụdi ya /. A chọpụtara na mkpụrụokwu Igbo nwere ike ịda ụda atọ nke bụ ụdeaelu, ụdaala na ụdansụda. Anyị gosipụtakwara akara ụdaolu atọ na-egosị ụda nke ọ bụla di ka

Ụdaelu (/)

Ụdaala (\)

Ụdansụda (–)

Anyị mekwara ka o doo anya na ọ bụ naanị n'ụdaume na myiriụdaume ka a na-etinye akara ụdaolu, anyị gara n'ihu kwuo na nkejiokwu ole okwu nwere, ga-egosị akara ụdaolu ole okwu ga-enwe. E jiri mkpụrụokwu dị iche iche nye ọmụmaatụ nke a

N'ikpeazụ anyị jiri mkpụrụokwu nwere otu nkeji na otu nsụpe gosị na naanị ihe e jiri mara mkpụrụokwu ndị a pụtara bụ ụda ha dara na akara ụdaolu a kanyere ha.

**NNWALE**

(i) Kanye akara ụdaolu kwesịrị okwu ndị a.

Mmanu, omume, anya, odibo, egwu

(ii) Depụta akara na-egosị ụda ndị

(a) Ụdansụda_____________________________
(b) Ụdaala ________________________________
(c) Ụdaelu _______________________________

(iii) (a) Gịnị mere na mgbochiume anaghị ebu akara ụdaolu?

(b) Olee mkpụrụasụsụ ndị a na-akanye akara ụdaolu?

(iv) Dee na nke nke ihe ị gbọtara n'ihe ndị a.

## AZỊZA NIILE MAKE IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ

## EDENSIBỊA:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3.* University Press, Ibandan.

# MODUUL 4: NTỌALA AGỤMAGỤ

## Yunit 1: Ihe Agụmagụ Pụtara Na Njirimara Ya

### MMALITE

Ka anyị lee anya n' ihe ọmụmụ anyị na yunit a:

Ugbu a anyị ga-atule agụmagụ, ihe ọ pụtara na njịrịmara ya.

Agụmagụ bụ ihe edere ede ma ọ bụ ihe a rọrọ arọ ma ọ bụ ihe e jiri anya okenye ji ele ihe di n'akpa dee, n' agbanyeghị mma ha mara ma ọ bụ nkesi ha kesiri.

Agụmagụ bụ edemEde na akụkọ na-enye obi ańụrị, afọ ojuju amamihe bịakwa na-akpalite mmụọ mmadụ.

**MBUNUUCHE**

Na ngwụcha nkụzị a, ị ga-enwe ike:

1. Ịkọwaa nkenụụdị agụmagụ

2. Ịnye ọmụmaatụ nkenụụdị na agụmagụ dị iche iche.

3. Ịkọwaa uru agụmagụ bara.

### USORO OMỤMỤ YUNIT A

Mgbe ị na-amụ ihe ọmụmụ a ị ga- asa anya mmiri tọọ ntị n'ala mara ihe ịga-eme ịga-achọpụta site n'ajụjụ njirimara agụmagụ. Gbaa mbọ zaa ajụjụ niile a ga-ajụ gị.

### NKỌWA OKWU

Were ohere ndị a e nyere gị depụta mkpụrụokwu ndị ụfọdụ, na-enweghị ihe ịkọwa pụtara ma chọpụta ihe ha pụtara nkọwa okwu ma ọ bụ n'kaasụsụ.

### IHE ỌMỤMỤ

**Gịnị bụ agụmagụ?**

Agụmagụ bụ mkpokọta ihe – edere ede n'ime otu obodo ma ọ bukwanụ n'ime ụwa dum.

Ọ bụ ihe e edere ede nke na-akpalite ntule uche n'ebe ihe dị mma dị ma ọ bụ ihe na-akpalite mụọ mmadụ.

Ihe niile e dere ede, ndị a rorọ arọ ma ọ bụ ndị e jiri anya okenye ji ele ihe dị n'akpa dee, n'agbanyeghị mma ha mara ma ọ bụ ma ọ bụ nkwesị ha kwesiri. Ihe odide niile nke otu obodo n'otu oge, ma ọbụ otu ebe n'ụwa.

Agụmagụ bụ ihe niile metụtara ndụ mmadụ na –ebi n'ime ụwa anyị hụtara onwe anyị

Agụmagụ bụ edemede ma ọmụmụ akwụkwọ ndị e were ka ọrụ nka dị ka egwuruegwu, ejije, akụkọ a rọrọ arọ, abụ, akụkọ na-akọwa ndụ mmadụ, obodo na akụkọ njem.

**IHE OMUME 1**

1. Olee ihe bụ agụmagụ kpọmkwem?

2. Kedụ ụzọ ebe atọ agụmagụ na-agbakwasị ụkwụ.

**Njirimara agụmagụ**: Ihe ndị bụ agụmagụ bụ ejije/egwuregwu, abụ, akụkọ, ederede, akụkọ ndụ mmadụ, akụkọ njem na akụkọ obodo.

N'agụmagụ ndị Igbo na nke ndị ọzọ kwa, akụkọ ifo, akụkọ mbidi ihe dị iche iche, akụkọ ndụ nna nna anyị ha, ilu, ụkabụilu, agwugwa, okwuntụhi, egwuregwu, abụ na mbem dị iche iche, bụcha agụmagụ ma a na-agụ n' ọnụ nkịtị ma e dere ha ede

**Olee ndị abughị agụmagụ?**

Edemede sayensị abụghị agụmagụ, akukọ si akwụkwọ nta akụkọ abụghị agụmagụ mana mgbe ụfọdụ nke a apụtaghị na akwụkwọ mgbasa ndị a anaghị ebu ihe gbasara agụmagụ. N'ime ha ka a na enyocha akwụkwọ agụmagụ dị iche iche.

Otu aka ahụ kwa agaghị agụnye ihe gbasara ọmụmụ ihe nke ụwa Jograafị ka ha bụrụ agụmagụ. n'ihi ụdị edemede ndị a emejupụtaghị ihe a rụtụrụ aka.

Agụmagụ bụ nka ndị obodo ji ebi ndụ ha. Ihe okwu a pụtara bụ na agụmagụ na- akọwasị ihe na-eme na ndụ ndị mmadụ nakwa ụzo ha sị eme ihe ndị ahụ ebe o na-ehiwe.

## IHE OMUME II

1. Dee otu akụkọ ifo nke zipụtara " E mee, emegwara anaghị apụ ụka".
2. Olee akụkọ ndị esoghị n'agụmagụ?

**NCHỊKỌTA**

Agụmagụ bụ ihe niile e dere ede tụmadị ndị a rọrọ arọ, ma ọ bụ ndị e jiri anya okenye ji ele ihe dị n'akpa dee, n'agbanyeghị mma ha mara ma ọ bụ nkwesị ha kwesiri. Ihe odide niile nke otu obodo, otu oge ma ọ bụ otu ebe n'uwa..

Agụmagụ bụ edemede na akụkọ na-enye obi ańụrị, afọ ojuju, amamihe biakwa na-akpalite mmụọ mmadu.

Ihe ndị a bụ agụmagụ: ejiji,egwuregwu, abụ, akụkọ (Ndị mere eme na ndị a rọrọ arọ), akụkọ ndị mmadụ,akụkọ njem na akụkọ obodo dị iche iche.

Agụmagụ gụnyere ilu, ụkabụilu, gwam gwam gwam, okwu ntụghị egwuregwu. Agụmagụ abụghị edemede gbasara ihe ọmụmụ elu uwa, (Jografi) na n’ihi ụdị edemede ndị a emetụtaghị ihe ndi a rụtụrụ aka n’isi mbido.

**NNWALE**

1. Agụmagụ ọ dị ụdị ole?

   Ha bụ gịnị na gịnị?

2. Kwuo ụzọ abụọ e jiri mara agụmagụ.

3. Olee uru abụọ agụmagụ na-abara anyị

4. Anyị nwere ụzọ atọ di oke mkpa n’agụmagụ, depụta ha.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 2: Nkenụụdịị Agụmagụ: Uru Agụmagụ Bara

## MMALITE

Cheta n'ihe ị mụrụ nay yunit 1 banyere agụmagụ na nijirimara ya.

N'ihe ọmụmụ anyị naYunit a, anyị ga-eleba anya na nkenụụdị agụmagụ na ụrụ agụmagụ na-abara anyị.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha nkuzi a, ị ga-enwe ike

1. kọwaa nkenụụdi agụmagụ..
2. nye ọmụmụaatụ nkenụụdi agụmagụ dị iche iche.
3. depụta uru dị iche iche agụmagụ bara.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(a) Tụgharịa uche n'ihe ịmụrụ na yunit nke mbụ

(b) Gbaa mbọ gụọ ihe ọmụmụ na nnwale tupu gị eleba anya n'aziza dị n'azụ akwụkwọ.

## NKỌWA OKWU

(a) Agbamume - Nkwado

(b) Gbaa mbọ chọpụta okwu ndị ọzọ gbara ọkpụrụkpụ ma jụọ onye nkụzị maka nkọwa ha

## IHE ỌMỤMỤ

**Nkenụụdi Agụmagụ**


E kere agụmagụ ụzọ abụọ buru ibu ha bụ:

1. Agụmagụ ọdịnaala
2. Agụmagụ ugbu a.


Nke ọ bụla n'ime ndị a kekwara ụzọ atọ -

**Ọmụmaatụ:**

(a)




(b)



**Ngalaba niile ndị a nwechara ụdị ha:**

1. Akụkọ-ifo, akụkọ okike, akụkọ ndịichie, akụkọ neegwu.

2. Ejije-mba, ejije ntọala, egbenọba, ejije ụmuaka.

3. Abụ-abụ ifo, abụ otuto, abụ /nkọcha, abụ akwa arịrị/iruuju, abụ nwa , abụ ọrụ ntọala, abụ agha.

**NKọwa Ngalaba Agụmagụ Ndị a**

Akụkọ: Akụkọ bụ ihe ndị Igbo na akụzịrị ụmụ ha mgbe ihe ụfọdụ dị ka ezi omume, nrube is, umeala na nsọpụrụ

Ejije: Ejije bụ agụmagụ ejije. Ọ bu ije ihe eje. Edeghị ya ede otu e si ede akụkọ na abụ maka na ọ bụ mmegharị ahụ ka e ji ezipụta ya,

Abụ: Abụ bụ egwu a guru n'ọnụ , ma ọ bụ usoro okwu a haziri,na na okwu, nke na-akpalite mmụọ ma nweekwa ihe ọ na-arụtụ aka

## IHE OMUME 1

Zaa ajụjụ ndị a

1. Kọwaa ụzọ ole e kere agụmagụ
2. Ụzọ ole ka e kere ngalaba agụmagụ ọdịnaala?
3. Kpọpụta ụdị akụkọ abụọ ị maara?
4. Kedụ ụdị ejije abụo ị mara?

**URU AGỤMAGỤ BARA**

Agụmagụ na-abara ndị na-agụ ya ọtụtụ uru dị ka:

1. Agụmagụ bụ ihe a na-eji anọri oge nke ọtụtụ mmadụ ji eme onwe ha obi ụtọ.
2. A na eji Agụmagụ akụzị ihe, ọ kachasị n'ebe ihe dị ka umeala, nrube isi na kwa akparamaagwa ndị ọzọ dị.
3. A na-eji Agụmagụ echekwa asụsụ na omenala ndị na -agụ ya.
4. Agụmagụ na –eme ka ndị na-agụ ya gbasie ike. Abụ na-eme ka ndi na arụ ọrụ nwe agbamume na ike ha ji arụ ọrụ
5. A na esite n'agụmagụ enweta mmepe obodo, ọmụmaaatụ: Agụmagụ ọdịnaala ụfodụ di ka ejije mmọnwu, mgba na kwa ndị ọzọ na eweta mmepe n'obodo ahụ a na-eme ha

## IHE OMUME II

**Zaa ajụjụ ndịa:**

**(**a) Depụta ụdị abụ abụọ ị maara.

(b) Nye ọmụmatụ otu agụmagụ ọdịnaala na-eme ka ndị na-agụ ya gbasịe ike.

(ch) Kedụ otu njirimara jikọtara abụ na akụkọ.

## NCHỊKỌTA

N'ihe ọmụmụ a ị mụọla na :

(a) E kere agụmagụ ụzọ abụọ, nke bụ agụmagụ ọdinala na agụmagụ ugbu a.

(b) Nke ọ bụla n'ime agụmagụ ndị a kewakwara ụzọ atọ nke bụ akụkọ, ejiji na abụ.

(ch) Ihe ndị mejupụtara akụkọ bụ, ifo akụkọ okike, akụkọ ndiichie, akụkọ neegwu.

(d) Ndị mejupụtara ejije bụ - Mgba, mmọnwụ, ejije ntọala, egbenọcha, ejije ụmuaka.

(e) Ihe ndị mejupụtara abụ gụnyere-abụ otuto, abụ ifo, abụ ikpe, abụ nkọcha, abụ akwa arịrị, abụ iru uju, abụ nwa, abụ orụ, abụ agha na abụ ntọja.

(f) Otu n'ime uru agụmagụ bara bụ na ọ na-echekwa asụsụ na omenala ndị na-agụ ya.

## Nnwale

Zaa ajụjụ ndị a:

1(a) Kọwaa na nkenke ihe bụ abụ

(b) Dee uru abụọ agụmagụ bara

(ch) Gịnị bụ ejije?

(d) Kọwaa ihe bu akụkọ dị ka otu n'ime agụmagụ.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Nwadike, I.U. (1981), Ntọala na Nnyocha Agụmagụ, ala : Deo gratias Publishers.

# YUNIT 3: Ilu Dịgasị Iche Iche, Na Nkọwa Ha, Na Okwuntụhị

## MMALITE

Ilu dị nnukwụ mkpa na ndụ ndi Igbo. Ha na-etinyekarị ilu n'okwu ha na-ekwu ma nweekwa olile anya na onye ọ bụla tozuru etozu ga aghọta ihe ha na-akọwa. Ndị Igbo na-ejikwa okwuntuhị anọri oge. N' ihe ọmụmụ a anyị ga-ekwu ihe ilu na okwuntụhi pụtara.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, nwa akwụkwọ ga-enwe ike:

1. Kọwaa ihe bụ ilu na okwuntụhi na ndụ ndi Igbo.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

(i) Yunit a chọrọ nleru anya, Ị kwsịrị ikpachapụ anya gị mee ihe omume ma zaakwa ajụjụ ndị a jụrụ gị.

(ii) Gee ntị n'olu ndị na-atụ ilu oge ị na-eme ihe omume ka ị were ike imata ihe nke ọ bula pụtara.

(iii) Zaa ajụjụ ndị a juru gị tupu gi elee anya n'azịza e enyere gị n'azụ akwụkwọ.

### NKỌWA OKWU

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1. | Ndịịchie | - | Ndị nna anyị ha |
| 2. | Ọkaokwu | - | Onye na-ekwu okwu otu ọ na-aba na ntị. |
| 3. | Okwuntabire | - | Aha ọzọ a na-akpọ okwuntuhị |

### IHE ỌMỤMỤ

**Nkọwa Ilu Dị Ịche Ịche Na Okwuntụhị**

**Gịnị bụ Ilu?**

1. Ilu bụ okwu ndị ịche chịkọtaraaka, nke nwere echiche miri emi na-akọwapụta ndụ ndị Igbo.
2. E nwekwara ike ịkọwa ilu dị ka ekwumekwu ndị Igbo nke nwere echiche miri emi nke ha ji akụzi ihe.
3. Ilu bụ ahịrịokwu na-egosi amamiihe dị omimi.
4. Ilu bụ otu ụzọ Igbo, okachaa ndị ọkaokwu ji enye okwu ha ugwu na nsọpụrụ.
5. Ilu bụ amamiihe nke ọtụtu mmadụ nwere otu nghọta.

### NJIRIMARA ILU

(a) Ilu nwere usoro e si amalite ya dị ka: nna m tụrụ ilu si: Ndị Igbo na-atụ ilu sị:

(b) Ọnọdụ ọ bụla nwere ilu nke ya na ha na-adakọ.

(c) Ilu ndị a na-akpọtụ aha oge ana atu nyere mmadụ, ụmụ anụmanụ, osisi, ụmụ mmụọ, okwute, osimiri na kwa ihe ndị a anaghị ahu anya.

**URU ILU BAARA NDỊ IGBO**

1. Ilu na -egosịpụta ndị Igbo dị ka ndị na-eleru anya ala ma ọ bụ ndị na-edo anya ịghọta ihe na-eme na ndụ ha.
2. Ilu na egosịpụta nwaafọ ala Igbo maara otu e sị ekwu okwu.
3. Ilu na-eme ka okwu na atọ ụtọ n'ogige, na-emekwa ka ihe okwu na-ekwu nmie n'isi ndị ọ na-agwa okwu.
4. Ilu na-akụzi anyị ọtụtụ ihe, kamachaa n'akparamagwa.
5. Ilu na-egosiputa onye tozuru oke ikwu okwu.

## IHE OMUME I

1. Kedụ otu ndị Igbo Igbo si ahụta onye na-etinye ilu n'okwu ya?
2. Kedụ ihe ndị a na-akpọtụ aha n'ilu?
2. Olee ihe ndị Igbo na-ekwu gbasara onye a tụụrụ ilu kọwaara ya?

## ILU DỊ ICHE ICHE NA NKỌWA HA

1. ILU: Ọkụkọ hapu mma gburu ya, ọ tụgọwara ite olu.

   NKỌWA: Mmadụ hapụ onye kpasuru ya iwe, ọ gaa chakasịwara onye ọzọ anya.

2. ILU: Isi kote ebu ọ gbaa ya

   NKỌWA: Nsogbu na-adịrị onye dọtara nsogbu

3. ILU: Achụa aja ahụghị udele, a mara na ihe mere be ndi mmụo.

   NKỌWA: Onye a tụrụ anya kwesịrị ịbịa ihe, mechaa ọ biaghị, a mara na e nweriri ihe meerenụ.

4. ILU: Echi dị ime, a maghị ihe ọ ga-amụ

   NKỌWA: Mmadụ apụghị ikwu ihe ga-eme echi.

**OKWUNTỤGHỊ**

Gịnị bụ Okwuntụhị?

1. Okwuntụhị bụ otu n'ime agụmagụ ọdịnala ndị Igbo na-eji anọrị oge.
2. Ebe ụfọdụ n'ala Igbo a na-akpọ ya okwuntabire n'ihi na ọ bụrụ na mmadụ kwupụtawa ya, ma e leghị anya, onye ahụ nwere ike tabịrị ire ya.

**ỤFỌDỤ OKWUNTỤGHỊ E NWERE N'IGBO**

1. Ụkọchukwu Okechukwu kwuru okwu Chukwu n'ulọ Chukwu dị n'Arọchukwu.
2. Papa Pịta patara pọpọ panye papa Pọl papa Pol a para pọpọ panye papa Pịta.
3. Nwaanyị na-ere olu ele, ị na-ere olu ele ere ka Ị na-eri olu ele eri?
4. Mama Ebere buuru ebereebe buruo eberebe n'edeweghịrị Ebere Mberembere ka ọ bịa buruo eberebe.
5. Mpi ka mpi puru n'isi mkpi.

**NJIRIMARA OKWNTỤHỊ**

1. Ihe a na-eji ekwupụta ya bụ ọsọọsọ..
2. Ihe eji agụnye onye maara nke o riri n'egwuregwu a bụ onye ga-enwe ike kwuo ya ugboro ole ọ bụla a gwara ya kwụọ, n'atagherighị ọnụ ma ọ bụ kụda ume.

**URU Ọ BARA**

1. A na –eji ya egwuri egwu ma na ekporikwa mgbe.
2. Ọ na-enyere mmadụ aka ịmụta otu e si ekwu okwu ọsọọsọ.
3. Ọ na-enyere mmadụ aka ibụteli ọtụtụ okwu n'isi ya.

## IHE OMUME II

1. Kwuo otu okwuntuhị Ị maara.
2. Jiri ọkụkọ tuo otu ilu.
3. Kọwaa ilu a –Nwa atụrụ ga-epu mpi , ekwe dịkwa ya arọ

**NCHỊKỌTA**

N'ihe ọmụmụ a, Ị mụọla na-

1. Ilu bụ okwu ndịịchie chịkọtara nke nwere echiche miri emi.
2. Okwu ntụhị bụ otu n'ime agụmagụ ndị Igbo ji ekpori mgbe.
3. Ilu na akụziri anyị ihe dị iche iche ndụ ndị Igbo.

## NNWALE

Zaa ajụjụ ndị a:

1. Gịnị bụ Ilu?
2. Kedụ otu ndịịche dị n'etiti ilu na okwuntụhị.
3. Kọwaa otu uru ilu baara ndị Igbo?
4. Olee uru okwuntụhi bara ndị Igbo?

## AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A

## EDENSIBỊA


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 4: Nchịkọta

## MMALITE

Ị mụọla ihe site na Yunit nke mbụ ruo na nke atọ gbasara ntọala agụmagụ. Olee oke ihe ọmụmụ niile a jiri webata mgbanwe n'ime gị dị ka onye nkụzị?

Na Yunit anyị ga-agalị lebaghar ịa anya n'ihe ndịa anyị kuzielarị. Ọzọkwa Yunit a ga-abara gị uru ma ọ bụrụ na anyị ewekọta ihe ọmụmụ niile dị na moduul 4. Wee kaa ha ọnụ n'ime Yunit a.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha nkuzi a Ị ga- enwe ike:

1. Kọwaa otu ụfụdụ ihe ị mụrụ ebe e siri nwee ihe jikọtara ha.
2. Nwalee onwe gị ma i nwekwara ike icheta ihe ọmụmụ ndị a kụziri gị.
3. Dị na njikere ikuzi ihe niile gbasara ntọala agụmagụ.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A

Ihe a bụ mmụgharị ihe ndị ị mụrụlari na yunit ndị gara aga. N'ihi ya, ọ ga-a bara gi uru ma isoro ntụziaka ndi a:

(a) Gbalia mụta ihe ndị a kuzịri na yunit ndia niile.
(b) Guọ yunit a nke ọma, ya nwee ebe ịchọrọ ịrụtụ aka na yunit ndịa gara aga, ohere dịrị gị.
(c) Mee ihe omume niile, nke ọ bula rara gị ahu, gaghachi na yunit ebe ọ di iji doo gi anya.
(d) Lebara ihe ndị dị mkpa anya nke ọma.

## NKỌWA OKWU

1. Ihe ọkpụ: Ihe ochie, ma ọ bụ ihe gbara ọtụtụ afọ. Chọpụta okwu ndị ọzọ gbara ọkpụrụkpu ma jụta onye nkuzi gị ihe ha pụtara.

## IHE ỌMỤMỤ

Ihe Agụmagụ Pụtara

Agụmagụ bụ echiche miri emi nke madụ ọ bụla chere banyere otu isiọkwụ, ma bịa were asusụ nkea depụta ma tapịakwa echiche ahu.

### NJRIMARA AGỤMAGỤ UGBU A

(a) A na-eji asụsụ nka ma ọ bụ asusụ a piri aka ede ya.

(b) Ọ na-ezipụta omenaala obodo ndị na agụ ya.

(ch) Agụmagụ ọ bụla ga-enwerịrị ihe ọ na -akụzi

**NKENỤỤDỊ AGỤMAGỤ**

E kere agụmagụ ụzọ abụọ

1. Agụmagụ ọdịnaala

2. Agụmagụ ugbu a. Ha abụọ nwchara ngalaba atọ bụrụ ibu. Ha bụ: Akụkọ, Ejije na Abụ.

**Nke ọ bụla n' ime ndị a nwere nkewasị dị iche iche.**

1. Akụkọ - Ifo, akụkọ okike, akụkọ ndịichie na Akụkọ na egwu.

2. Ejije - mmọnwu, ejije ụmụaka, ejije ntọaja.

3. Abụ - abụ ifo otuto, abụ akwa, abụ agha.

**URU AGỤMAGỤ BARA**

(a) Agụmagụ na-akpa obi ọma.

(b) Ọ na-enye aka echekwa ọdịnaala ndị Igbo.

(ch) A na –eji ya azụlite ụmụntakịrị.

(d) E ji ya amụta otu esi ekwu okwu.

**IHE AGỤMAGỤ ỌDỊNAALA PỤTARA**

E kere agụmagụ ọdịnaala ụzọ atọ ha bụ:

(a) Akụkọ - Ifo akịkọ, akịkọ n'egwu akụkọ ndịiche

(b) Abụ - abụ otuto, abụ akwa, abụ ọrụ, abụ nwa.

(ch) Ejije - mmọnwụ ntọaja, ejije ụmụaka.

**IHE OMUME 1**

Zaa ajụjụ ndịa

(a) Olee otu njirimara agụmagụ ị marala?

(b) Gịnị mejuputara agụmagụ ọdịnaala?

(ch) Olee otu uru agụmagụ ọdịnaala?

**AGỤMAGỤ ỌDỊNAALA N'ỤDỊ AKỤKỌ**

Akụkọ ifo bụ akịkọ ndị Igbo na esite n'aka fere na-aka.

Ọ bụkwa ihe ndị Igbo na-eji akụzịrị ụmụ ha ihe ụfọdụ dị ka ezi omume, nrube isi, umeala na nsọpụrụ.

**NJIRIMARA AKỤKỌ IFO**

(a) Ifo na-akọkarị ihe na-eme n'ala mmụọ, ala ụmụ anụmanụ nakwa ala mmadụ.
(b) Agwa dị ya na-abụkarị anụmanụ, mmụọ na mmadụ.
(c) Ọ na-enwekarị akụkọ m ga akpọọrọ ụnụ, kọọrọ anyị ka obi dị anyị mma.

**AGỤMAGỤ ỌDỊNAALA N'ỤDỊ ABỤ**

Abụ bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ ọdịnaala ndị Igbo. Ọ na-adịkarị n'udị egwu ọgụgụ, ufọdụ ha gụnyere- Abụ ifo, Abụ otuto, Abụ nkọcha, Abụ akwa, Abụ nwa, Abụ ọrụ.

**AGỤMAGỤ ỌDỊNAALA N'ỤDỊ EJIJE**

Ejije Ọdịnaala bụ ụdị mmegharị ahụ dị iche iche dị ọkpụ, ma nwekwa usoro e ji ezipụta ya n'uzọ ndụ anyị, mgbe ụfọdụ site na nnomi ma ọ bụ njije.

Ejije ọdịnaala gụnyere -mmọnwụ, ejije ụmụaka, ejije ntọaja, mgba, ọkọnkọ, ekpe nakwa ndị ọzọ.

## IHE OMUME II

Zaa ajụjụ ndị a:

1. Olee otu ụdị abụ ị maara?
2. Kedụ otu uru akụkọ ifo bara?
3. Olee agwa ndị na-adị n' akụkọ ifo?
4. Olee ụdị ejije ọdịnaala abụọ ị maara?

**NJIRIMARA AGỤMAGỤ ỌDỊNAALA**

Ihe ndị a bụ ihe ndị a ga-ahụ a mara na ha bụ agụmagụ ọdịnaala.

1. Agụmagụ ọdịnaala bụ ihe ndị Igbo jị anọrị oge tupu agumagụ ugbu apụta
2. A na-eji ọnụ agụpụta ya.
3. O nweghị onye dere ya.
4. A ga-enwerịrị ndị olee tupu a gụpụta ya.

**ILU DỊGASỊ ICHE ICHE NA NKOWA HA NA OKWUNTỤHỊ**

Ilu bụ okwu ndịịche chịkọtara nke nwere echiche miri emi, na-akpọpụta ndụ ndị Igbo. Ilu nwere usoro e si amalite ya dị ka: Nna m tụrụ ilu sị: Ndị Igbo na -atụ ilu sị:

Okwuntụhị bụ otu n'ime agụmagụ ọdịnala ndị Igbo na-eji anọrị oge. Okwuntụhị na-enyere mmadụ aka ibuteli okwu n'isi.

Ilụ na-egosịputa onye tozuroke n'ikwu okwu**:**

**Ilu:** Nna m tụrụ Ilu si: Isi kote ebu ọgbaa ya.

**Nkọwa:** Nsogbu na-adịrị onye dọtara nsogbu.

Ọmụmaatụ Okwuntụhị - Mkpi ka mpi pụrụ n'isi mkpị

**AGỤMAGỤ UGBU A: IDUUAZỊ: AKWỤKWỌ ỌGỤGỤ ONYE OMA EMEKA**

Agụmagụ ugbu a bụ nke edere n’akwụkwọ. Iduuazị bụ akwụkwọ na-edpụta site n’akukọ a rọrọ arọ, nke ode ji uche na ime mmụọ ya dee. Ihe ndị a na elekwasị anya enyocha idụụzị dịka – Aha, Isiokwu, Oge, Ebe, Agwa, Nhazi, Asụsụ na Nka na ihe mmụta. Iduuazi na-abara ndị na-agụ ya ọtụtụ uru. Ha gụnyere na:

(a) A na-eji ya akụzị ma na-amụtakwa ihe.
(b) Ọ na-eme ka e nwee mmasị pụrụ iche maka asụsụ na omenala ịgbo

## IHE OMUME III

Zaa ajụjụ ndịa:

(a) Ole otu njirimara agụmagụ ọdịnaala ị maara?

(b) Tụọ otu ilu ị maara?

(ch) Gịnị bụ agụmagụ ugbu a?

(d) Olee otu uru iduuazi bara?

## NCHỊKỌTA

Na Yunit a ị mụgharịala ihe gbasara

(a) Ihe agụmagụ pụtara na Njirimara ya.

(b) Nkenụụdị agụmagụ na uru agụmagụ bara.

(ch) Ihe agụmagụ ọdịnaala pụtara na Nkenụụdị agụmagụ ọdịnaala.

(d) Agụmagụ ọdịnaala n’ụdị ejije.

(e) Agụmagụ ọdịnaala n’ụdị akụkọ.

(f) Njirimara Agụmagụ ọdịnala

(gb) Ilu dịgasị iche iche n’akwa okwuntụhị

(h) Agụmagụ Ugbua: Iduuazị akwụkwọ ọgụgụ, Onye Oma Emeka.

## NNWALE:

Zaa ajụjụ ndị a:

(a) Gịnị bụ agụmagụ?

(b) Kọwaa ihe bụ ejije ọdịnaala

(ch) Depụta uru agụmagụ bara

(d) Gịnị bụ ilu na okwuntụghị?

(e) Kọwaa ihe iduuazi pụtara.

## EDENSIBịA

Lee anya n’akwụkwọ Ndị a rụtụrụ aka site na aka site na unit 9

# MODUUL 5:
# AHỊRỊOKWU NA NDỊNAYA

## Yunit 1: Ihe Nkebiokwu Pụtara na Njirimara ya.

### MMALITE:

Tupu yunit a edoo gi anya nke ọma, ị ga-agbaịrị mbọ cheta na n' asụsụ ọ bụla, ahịrịokwu ka eji ekwu ihe na-enwe nghota zuru oke. Mkpụrụokwu ole na ole gakọọ n' ezigbo usoro, ha abụrụla ahịrịokwu. Ahịrịokwu ga-enwerịrị nghota zuru oke. N'aka nke ọzọ, nkebiokwu anaghị enwe nghota zuru oke n' ihe na ọ naghi enwe ngwaa. Chetakwa na ọ bụ ngwaa na-eme ka ahịrịokwu nwee ezigbo nghota.

### MBUNUUCHE:

Mgbe a kuzichara yunit a, ị ga-enwe ike:

1. Kọwapụta ihe nkebiokwu pụtara.
2. Depụta njirimara nkebiokwu
3. Depụta ọmụmaatụ ole na ole zipụtara nkebiokwu
4. Zipụta ndjiche dị n' etiti nkebiokwu na ahịrrịokwu.

### USORO ỌMỤMỤ YUNT A:

Nke a bụ yunit a chọrọ ka Ị leruo anya ala gụọ ma nweekwa ike zaa ihe ọmụmụ na nnwale. Gbaa mbọ hụ na ị zara ajụjụ ndị a jụrụ

### NKỌWAOKWU:

Ndị a bụ ụfọdụ mkpụrụokwu si na yunit a, nke Ị kwesịrị ịghota. I nwekwara ike chọpụta ndị nke gị site n' iwere akwụkwọ gị denyesịa ha n' oghere dị

n' okpuru.

Edoo anya - ighọta ihe a na-ekwu maka ya

Njirimara – ihe na- egosi ihe.

----------------------------------------------------------------

----------------------------------------------------------------

----------------------------------------------------------------

## IHE ỌMỤMỤ: IHE NKEBIOKWU PỤTARA:

N'ebe a ka anyi ga-elebazị anya kpọmkwem ihe nkebiokwu pụtara ma zipụtakwa njirimara ya. Anyi ga-enye ọmụmatụ ahịriokwu ole na ole n'ọnụmaatụ ndị a ka isiokwu yunit a ga-esi apụta.

### Ọmụmaatụ:

1. Obi na Ada lụrụ ọgụ.
2. Nwanne m nwoke rụrụ ụlọ elu.
3. Onye ụlọ anyi bịara ileta anyi
4. Nwa Maazi Amadi agaala Obodo Oyibo.

N' ọmụmaatụ ndị a, mkpụrụokwu ndị a kanyesịrị ihe n'okpuru bụcha nkebiokwu. Lekwa ha ọzọ.

1. Obi na Ada
2. Nwanne m nwoke
3. Onye ụlọ anyị.

Site n' ọmụmaatụ ndị a, anyị ga- akọwa nkebiokwu dị ka mkpụrụokwu abụọ ma ọbụ karịa nọ n' otụ ahịrị ma nghota ya ezughị oke. Ọ naghi enwe ngwaa ọbụla. E nweghị nghọta zuru oke na nkebiokwu ndị ahụ ahụ a kanyesịrị I he n' okpuru n' ihi ngwaa adịghị na ha

# NJIRIMARA NKEBIOKWU:

1. Tupu e nwee nkebiokwu, a ga-enwe karịa otụ mkpụrụ okwu. Yabụ o ga-enwe mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa
2. Nkebiokwu anaghi enwe ngwaa
3. Ọ naghi enwe nghota zuru oke.

## IHE OMUME:

1. Gịnị bụ nkebiokwu?
2. nye ọmụmaatụ nkebiokwu abụọ
3. Depụta njirimara nkebiokwu abụọ ị maara.

### NCHỊKỌTA:

Anyị ekwuola na nkebiokwu bụ mkpụrụokwu abuọ ma ọ bụ karịa nọ n' usoro mana nghọta ya ezughị oke. O nweghi ngwaa ma ọlị. Ọ bụ ngwaa na-eme ka ahịrịokwu nwee ezigbo nghota.

## NNWALE:

1. N’ ọmụmaatụ ndị a, depụta ndị bụ nkebiokwu:
   a. Onye nkuzi
   b. Sie nri
   Ch. Onye ara ahụ
   d. Onye kwuru
2. Otụ n’ ime njirimara nkebiokwu bụ na ọ na-enwe nghọta zuru oke ị kwenyere na nke a ?
3. Kedụ otụ ndị iche dị n’ etiti nkebiokwu na ahịrịokwu?
4. Tupu enwee nkebiokwu, a ga – enwe karịa otụ mkọụrụokwu. Kọwapụta okwu a n’uju.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 2: NKENỤỤDỊ NKEBIOKWU: ỊKỌWAPỤTA IHE NKE Ọ BỤLA N' IME HA PỤTARA.

## MMALITE:

Na Yunit 1, a kọwaara gị ihe nkebiokwu pụtara ma zipụtakwa njiriamara ya nke ọma. Anyị ghọtara na nkebiokwu bụ mkpụrụokwu ole na ole, nghọta dị na ya ezughi oke. Nghọta dị na ya ezughi oke n' ihi na o nweghị ngwaa. I chetakwara na ọ bụ ngwaa na-eme ka ahịrịokwu nwee ezigbo nghọta. Ugbu a, anyị ga-elebazị anya n'ụdị nkebiokwu dị iche iche wee kọwapụta n' uju ihe nke ọ bụla n' ime ha pụtara.

## MBUNUUCHE:

Mgbe a kụzichara yunit a, ị ga-enwe ike:

1. Depụta nkenụụdị nkebiokwu dị iche iche
2. Kọwapụta ihe nke ọ bụla pụtara
3. Nye ọmụmaatụ ole na ole iji gosipụta ụdị ya dị iche iche.

## USORO ỌMỤMỤ YUNITA A:

Saa anya mmiri gụọ yunit a ma zaa ajụjụ dị n' ihe omume na nnwale

## NKỌWA OKWU:

Ndị a bụ mkpụrụokwu nwere ike ịra gi ahu ighota. Jiri aka gị chọpụta ndị ọzọ ma denyesịa ha n' oghere dị n' okpuru

Nnenụụdị - Ụdị dị iche iche

Saa anya mmiri - Ịkpachapụ anya mee ihe

## IHE ỌMỤMỤ:

NKENỤỤDI NKEBIOKWU :

E nwere ụdị nkebiokwu dị iche iche n' asụsụ , Igbo. A ga – edeputa ma lebakwa ụdị nkebiokwu ndị ahụ anya ma kọwapụtakwa otụ ha si arụ ọrụ . Ha bụ ndị a:

| | | |
|---|---|---|
| i. | nkebiokwu | keaha |
| ii. | nkebiokwu | kenkọwaaha |
| iii. | nkebiokwu | Kenrụaka. |
| iv. | Nkebiokwu | kembụụzọ |
| v. | Nkebiokwu | kenjụajụjụ |
| vi. | Nkebiokwu | kemfinitiivu |
| vii. | Nkebiokwu | kemkpokọta |

viii. Nkebiokwu keọnụọgụgụ
ix. Nkebiokwu kejerọndụ

## NKỌWAPỤTA NKENỤỤDỊ NKEBIOKWU:

**(i) Nkebiokwu Keaha:**

Nke a bụ ụdị nkebiokwu nke e ji mkpọaha emebe. Na nke a, a ga-ahụ

Naani aha abụọ ma ọ bụ karịa.

**Ọmụmaatụ:**

Nwoke ojii.

Ụkwụ ọma.

Ụmu ọjọọ

Olu ogologo

Ọkụkọ ọcha.

Ewu ojii

**(iii) Nkebiokwu Kenrụaka:**

Nke a bụkwa ụdị nkebiokwu ọzọ e nwere n’ asụsụ Igbo nke esi na nrụaka enweta. Dị ka aha ya si di , ọ na-arụ ihe aka. Ọ bụ nrụaka ‘A’ na ‘AHỤ’ Ka e ji emebe ya

**Ọmụmaatụ:**

Ọsisi a.

Ọkụkọ ahụ

Okorọbịa ahụ

Nri a.

Oche a

Akpa ahụ

Nwata ahụ

Ụlọ a.

**(iv) Nkebiokwu Kembụụzọ:**

Ọ bụ otu n’ ime nkenụụdị nkebiokwu e nwere, Ọ na-egosị otu

Mkpụrụokwu ma ọbụ karịa na-eso mbuụzọ n’ otu ahịrịk\okwu. Ebe a, a ga-ahụ otu mbuụzọ na otụ aha ma ọ bụ karịa, tinyere ndị ọzọ na-eso.

**Ọmụmaatụ:**

N'ụtụtụ.

Na Mgbede.

N'Obodo anyi

Na Kaduna Steeti.

N'ala Bekee

N' Osisi.

Na Mmiri

**v. Nkebiokwu Kenjụajụjụ:**

Ọ bụkwa otu n' ime ụdị nkebiokwu e nwere n' asụsụ igbo. Dị ka aha ya si dị, ọ bụ mkpụrụokwu ole na ole gakọrọ n' usoro eji njụajụjụ ezipụta. Na nke a, a ga-ahụ otu njụajụjụ.

**Ọmụmaatụ:**

Ndị ebee?

Ndị gịnị?

Onye ebee?

**vi. Nkebiokwu Kemfinitiivu:**

Nke a bụkwa otụ n' ime nkenụụdị nkebiokwu dị na asụsụ igbo. Na

Nkebiokwu mfinitiivu, a ga-ahụ mfinitiivu na otụ aha ma ọ bụ Karịa n' ahịrịokwu.

**Ọmụmaatụ:**

Iri nri.

Ikwu Okwu

Ide akwụkwọ

Igba ọsọ

Ibe akwa

Ịchụ nta.

Ite egwu.

**vii. Nkebiokwu Kemkpokọta:**

Nke a sokwa na nkenụdị nkebiokwu. Ebe a, aha na mkpokọta na-agakọta ọnụ.

**Ọmụmaatụ**

Mmadụ dum

Aka naabọ

Onye niile

**viii.** **Nkebiokwu Keọnụọgụgụ:**

Ọ bụ otụ n’ ime ụdị nkebiokwu dị iche iche. Na nke a, a ga ahụ ọnụọgụgụ abụọ ma ọ bụ karịa ma ọ bụ otụ aha, otu ọnụọgụgụ ma ọ bụ karịa

**Ọmụmaatụ:**

Ụlọ iiri na ise

Ede atọ

Naira iri anọ

Ewu ise

Ụmụnne atọ

**ix.** **Nkebiokwu Kejerọndụ:**

Nke a bụkwa otu n’ ime nkenụụdị nkebiokwu e nwere n’ asụsụ Igbo.

Na nkebiokwu kejerọndụ, a na-ahụ otu jerọndụ na otu aha ma ọ bụ karịa n’ ahịrịokwu.

**Ọmụmaatụ:**

Oriri nri.

Ọtịta anụ

Ọgbụgba ọsọ

Ọdịda ule

Ọṅụṅụ mmanaya

Ọgịga njem

Ọmụmụ nwa

## IHE OMUME:

1. Depụta nkenụụdị nkebiokwu ise ị maara
2. Were ọmụmaatụ abụọ zipụta nke ọ bụla I dere
3. Otu na ndị a bụ nkebiokwu kenrụaka
   a. Ụlọ m dị

b. Ndị a.

ch. Kedụ nke ọ bụla

d. Bị a ebe a.

## NCHỊKỌTA

Na yunit a, o doola anya na e nwere ụdị nkebiokwu dị iche iche n' asụsụ Igbo. Ha juru eju, barakwa abara. A kọwapụtakwala ihe nke ọ bụla n' ime ha pụtara ma ziptakwa ọmụmaatụ ha n' otụ n' otu.

## NNWALE:

1. Kedụ otu ndịiche dị n' etiti nkebiokwu keaha na nkebiokwu kenkowaaha?
2. Were omụmaatụ a kọwapụta n' uju ụdị nkebiokwu ọ bụ: …………….'Osusu nri.'
3. Kedụ ụdị nkebiokwu a bụ : 'Ụmụada niile?
4. Otu n' ime ajụjụ ndị a bụ nkebiokwu Kembuụzọ :

   a. Na – abịa

   b. Na ọ bụ

   ch. N' Aba

   d. Obi na Ada

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA :**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3.* University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 3: IHE MKPỤRỤOKWU NA MỌFỊM PỤTARA: NJIRIMARA HA

## MMALITE:

Na yunit a, anyị ga-eleba anya na mkpụrụokwu na mọfịm. A ga-akọwapụta ihe ha pụtara ma zipụttakwa njirimara ha. Mkpụrụokwu bụ otu mkpụrụokwu ma ọ bụ karịa nke kwụụrụ onwe ya ma nweekwa nghọta. Ọ bụ okwu a na-ahụ maka okọwaokwu nke asụsụ. N' aka nke ọzọ, mọfịm ma ọ bụ mkpụrụasusụ bụ mkpurụasusụ ma o bụ nkeji mkpurụokwu ma ọ bụ

Mkpụruokwu pekachasịrị na mpe nke nwere nghota n' onwe ya Elezie anya, a ga-ahụ na mkpụrụokwu niile bucha mọfim mana ọ bụghị mofim niile bucha mkpụruokwu.

## MBUNUUCHE:

Mgbe a kuzichara yunit a, ị ga-enwe ike:

1. Kọwapụta ihe mkpụrụokwu pụtara ma nyekwa Njirimara ya.
2. Kọwapụta ihe Mọfịm pụtara, nkenụụdị na njirimara ya.
3. Depụta ndịche dị n' etiti mkpụrụokwu na mofim.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Gbaa mbọ guọ yunit a nke ọma ka ị wee nwee ike zaa ajụjụ dị na nnwale. A hapụkwala ịza ajụjụ ndị a họpụtara.

## NKỌWA OKWU:

A Kọwalara gi mkpụrụokwu ụfoụ. Chọpụta nke ị ma denyesịa ha n'oghere di

n' okpuru .

Gbaa mbọ …….jisie ike.

…………………………………………………………………………………………..

……………………………………………………………………………..…………

……………………………………………………………………………………………

## IHE ỌMỤMỤ:

## NKỌWA MKPỤRỤOKWU NA NJIRIMARA YA:

Dị ka anyị rutụrụ aka na mmalite yunit a, mkpụrụokwu bụ okwu ọ bụla ga-abụ ọ kwụrụ onwe ya, o nwee nkọwa ma nweekwa nghọta zuru oke. Ihe nghọta mkpụrụokwu ji abụ okwu zuru oke bụ ọ na-abụ ọ kwụrụ, ihe okwu ahụ pụtara ga-apụta ihe ozugbo,

n’enyonyi ya enyo. Otu mọfịm ma ọ bụ mkpụrụasụsụ ma ọ bụ karia na-emebe mkpụrụokwu.

Imaatụ - Osisi = Otu Mọfịm

M/gba . gbu - Mọfịm atọ

Ọzọkwa, mkpụrụokwu niile bucha mọfim mana ọ bụghi mofim niile bucha mkụrụokwu. Imaatụ Osisi, anya, Ụmụ, ọgwụ, Oke, Ndụka, mkpụrụokwu ma bụrụ mọfịm, ebe erila, re/en’ onwe ha bụcha mofim n; otu n’ otu mana ha abụghị mkpụrụokwu n’ onwe ha. A naghikwa ekeri mkpụrụokwu ekeri dị ka o siri dị na mọfịm.

## NJIRIMARA MKPỤRỤOKWU

1. Otu mụfịm ma ọ bụ karịa na-emebe mkpụrụokwu. Ọmụmaatụ - efere bụ otu mọfịm ma bụrụkwa otu mkpụrụokwu m/ me /gbu/ bụkwa mọfim atọ ma bụrụkwa otụ mkpụrụokwu
2. Ọ na-enwe nghọta. A na-achọta nghọta mkpụrụokwu n’ ọkọwaokwu
3. Ọ na-akwụrụ onwe ya n’usorookwu nke asụsụ
   **Ọmụmaatụ:**
   i. Amaka gara ahịa
   ii. Ogị gị tọrọ ụtọ.
4. A na – eji mkpụrụokwu emebe ahịrịokwu. N’ ọmụmaatụ a- “ Amaka gara ahịa” E nwere mkpụrụokwu atọ nke mebere ahịrịokwu a.

## NKỌWA MỌFỊM NA NKENỤỤDỊ YA:

Mọfịm bụ mkpụrụasụsụ ma ọ bụ nkebi mkpụrụokwu ma ọ bụ

Mkpụrụokwu pekarịsịrị na mpe a na – agaghị enwe ike kerie, o nwee nghota. Otụ mọfịm nwekwara ike ibụ otu mkpụrụchwu. Mana ọ bụghi mkpụrụokwu ọ bụla pụtara otu mọfịm . A na –ekeri mkpụrụokwu ọ bụla keruo ya na mọfịm, a gaghị ekekwa ya ọzọ. Ihe ọ bụla ekepụtara na mọfịm agaghi abụkwa mọfịm n’ ihi na ọ gaghị enwekwa nghọta. Yabụ mọfịm agaghị enwekwa nghọta ma e keri karịa ya.

## ỌMỤMAATỤ:

Ji (aha) nwere otụ mọfịm ma bụ otu mkpụrụokwu

njin (aha), otu mọfịm, otu mkpụrụokwu

nganga – otu mọfịm, otu mkpụrụokwu

ogwumagana – otu mọdịm, ọtu mkpurụokwu

mpụta- otu mkpụrụokwu ma bụrụ mọfịm atọ - m/pụ/ta

## NKENỤỤDỊ MỌFỊM:

Ekere mọfịm ụzọ abụọ. Ha bụ;

i. Mọfịm Ndabe/ Ntado
ii. Mọdịm Nnọronwe.

### i. MỌFỊM NDABE / NTADO:

Dị ka aha ya siri dị ma zipụta, Mọfịm ndabe bụ nke enweghi ike ịkwu

Naanị ya n' adabeghị n' okwu ọzọ. Mọfịm ndabe bu nke nghọta ya na mputara ya dị ime ụtọasụsụ na – abụghi na nkowaokwu. Ọ na – atado n' ahụ ibe ya wee nye aka nwee ezigbo nghọta zuru oke. Yabụ ọ na – achọkarị mgbakwunye. E nwere ụdị mgbakwunye atọ:-

i. mọfịm ndabe kenganihụ
ii. mọfịm ndabe kennọneetiti
iii. mọfịm ndabe kensonaazu .

### I. MỌFỊM NDABE KENGANIHU:

Nke a bu mọfịm a na – agbakwunye n' ihu mọfịm ọzọ. O nwere ike ịbụ ụdaume ma ọ bụ myiriụdaume.

**ỌMỤMAATỤ:**

| Nganihu | Isigwaa | |
|---|---|---|
| i | + | ri |
| n | + | ri |
| e | + | ri |
| m | + | pụ |
| a | + | gba |
| I | + | ta |

## MỌFỊM NDABE KENNỌNEETITI.

Nke a bụ mọfịm ọnọdụ ya na – abụ naanị n' etiti okwu. Ọkwụ o bụla ọ nọ na ya
E kee okwu ahụ ụzọ abụọ ha nhatanha , a ga – ahụ ya n'etiti okwu ahụ. O nwekwara ike ịbụ otu mgbochiume ma ọ bụ myịrịụdaume

**ỌMỤMAATỤ:**

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| anụ | + | m | + | anụ |
| ata | + | ra | + | ata |
| nha | + | ta | + | nha |
| ewu | + | m | + | ewu |
| ede | + | m | + | ede |
| ekwu | + | m | + | ekwu = ekwumekwu |

iii. **MỌFỊM NDABE KESONAAZỤ:**

Nke a bụ mọfịn a na – agbakwunye n' azụ mụfịm. Dịka mgbakwunye, o nwere ike ịbu ụdaume, mghọchiume, ma ọ bụ myrịụdaume.

**ỌMỤMAATỤ:**

| | | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| e | + | ri | + | te | = | erile | | | |
| oji | + | ị | | | = | ojii | | | |
| pụ | + | ta | | | = | pụla | | | |
| e | + | ri | + | e | + | la | = | eriela | |
| me | + | re | = | mere | | | | | |
| ga | + | ra | = | gara | | | | | |

2. **MỌFỊM NNỌRỌONWE**

Nke a bụ mọfịm ndị nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma nwee nghọta zuru

Oke ma pụtakwa ihe. Mọfịm nnọrọonwe ọ bụla na –abụ mkpụrụokwu, e nwere ike gaa na nkọwaokwu chọpụta mpụtara ya. Ọzọkwa, mọfịm nnọrọonwe ọ bụla na – abụ mkpụrụokwu nke aka ya Ọ naghi enwe nghota ma ekewaa ya ekewaa.

## ỌMỤMAATỤ:

Akwukwọ, e nweghị nghọta ma e kerisie ya. Ha noọrọ onwe ha, ha achọghịkwa isepụta ihe ọ bụla n' ihu ma ọ bụ n' azụ. Ọmụmaatụ mọfịm nnọrọonwe ndị ọzọ bụ:- efere, chi, anya, ụlọ, ahịa abalị, ewu, ie, isi.

**NJIRIMARA MỌFỊM:**

i. Ọ na – enwe nghọta.

ii. Ọ bụ mkpụrụasụsụ ma ọ bụ nkeji mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụokwu pekaisịrị na mpe n’ asụsụ ọ bụla. Nke a pụtara na ekerikwa ya ọzọ ọ gaghi enwezị nghota ọzọ.

iii. Ụfọdụ mọfịm na – adabe n’ okwu ozo n’ usorookwu ma ọ bụ n’ ahịrịokwu Nke a pụtara na ụfọdụ mọfịm enweghi ike ịkwụrụ onwe ha

.iv. Naanị mọfịm si na ngwaa na – enwe ndabe ihu na azu

v. O nwere ike ịbụ mkpụrụokwu n’ ihi mọfịm na – emebe

mkpụrụokwu.

**NDỊỊCHE DỊ N’ETITI MKPỤRỤOKWU NA MỌFỊM:**

1. Mkpụrụokwu niile bụcha mọfịm mana o bụghi mọfịm niile bụcha mkpụrụokwu

2. A na – ahụ nkọwa mkpụrụokwu niile n’ime nkọwaokwu. Nkọwa ya

na – ezu oke. Ọ bụghị Mofim niile ka a na - ahu na nkọwaokwu.

Nkowa ya anaghi ezu oke, naanị ọrụ mọfịm na – arụ n’ ime

mkpụrụokwu ka a na –akọwa n’ ime

nkọwaokwu.

## ỌMỤMAATỤ:

I + je, i-na-arụ ọrụ nganihu n’ime mkpụrụokwu-ije.

3. Mọfịm niile anaghị akwụrụ onwe ya n’usorookwu nke asụsụ.

**ỌMỤMAATỤ:**

e + ri +la.

e, ri na la agaghị akwụrụ onwe ha n’usorookwu otu ahu.

4. E ji mkpụrụokwu emebe ahịrịokwu, odịchaghi otu a na mọfịm

## IHE OMUME:

1. Njirimara mkpụrụokwu bụ ndị a:

a. Mkpụrụokwu kwụụrụ onwe ya, dịkwa mkpa.
b. Mkpụrụasụsụ nnọrọonwe nke nwere nghọta
ch. Mkpụrụasụsụ ndabe nke nwere nghọta
d. Mkpụrụokwu nke nwere ndabe.

2. Okwu a bụ ahụkwaghị m'bụ otu mkpụrụokwu ma nwee mofịm ndabe-

a. abụọ
b. anọ
ch. otụ

c. ise

3. 'Okporoụzọ' dị mkpụrụokwu:

d. atọ
e. abụọ
ch. otu

d. ise.

**NCHỊKỌTA:**

Na yunit a, akọwapụtala ihe mkpụrụokwu na mọfịm pụtara, ma zipụtakwa njirimara ha. Nke a nyere aka iji zipụta ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Akọwapụtakwala n' uju ụdị mọfịm dị iche iche n' asusụ Igbo.

**NNWALE:**

1. 'Mkpụrụokwu niile bụcha mọfịm mana ọ bụghị mọfịm niile bụcha

mkpụrụokwu' kọwaa nke a

2. Gịnị bụ mọfịm na nke nke?
3. Depụta ụdị mọfịm e nwere ma kọwapụta otu n' ime ha
4. Depụta otu ndịiche dị n'etiti mkpụrụokwu na mọfịm.

**AZỊZA NIILE MKA IHE OMUME NA NNWALE DỊ A NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A:**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 4: NKEBIAHỊRỊ NA NJIRIMARA YA.

## MMALITE:

Nkọwapụta e mere na yunit 1 and 2 ga – enye aka ịghota ihe ọmụmụ dị na nkebiahịrị na njirimara ya. N' ebe a, ahịrịokwu na – enwe nghota zuru oke karịa nkebiahịrị n' ihi ọ chọrọ mmeju. Otu aka ahụ nkebiahịrị na – enwe nghọta karịa nkebiokwu.

### MBUNUUCHE:

Akuzichaa yunit a, ị ga – agba mbọ:-

1. Kọwaputa ihe nkebiahịrị pụtara
2. Depụta Njirimara nkebiahịrị
3. Depụta ọmụmaatụ ole na ole zipụtara nkebiahịrị
4. Zipụta ndịiche dị n' etiti nkebiahịrị na nkebiokwu

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Nke a bụ yunit a chọrọ ka ị saa anya mmiri gụọ ka I nwee ike zaa ajụjụ dị n' ihe ọmụme na nnwale. Ị ghaghị ime nke a:-

___________________________________________________

___________________________________________________

___________________________________________________

## NKỌWA OKWU:

Ndị a bụ mkpụrụokwu nwere ike ịratụ ahụ ịghota . Chọpụta ndị ọzọ ma denyesịa ha n'oghere dị n' okpuru mmeju – ihe a na – etinye ka O wee zuo oke.

### IHE ỌMỤMỤ: IHE NKEBIAHỊRỊ PỤTARA:

Tupu anyị a gaa n' ihu na nkọwa anyị ka anyị depụta ahịrịokwu abụọ. Anyị ga- ekebi ahịrịokwu ndị a n' oke ọ bụla ga – enye anyị otụ nkebiahịrị.

### ỌMỤMAATỤ:

1. Onye isi anyị kwuru na ọ ga – eje Aba.
2. Oge eruole mgbe anyị ga – eri nri.

Anyị kebie ahịrịokwu abụọ ndị a ụzọ abụọ , nkebi ọ bula abụrụzie nkebiahịrị

| Nkebi nke mbụ | Njikọ | Nkebi nke abụọ |
|---|---|---|
| 1. Onye isi anyị kwuru | na | Ọ ga – eje Aba |
| 2. Oge eruola | mgbe | anyị ga – eri nri |

Site na nkọwa a, a ga – akọwapụta nkebiahịrị dị ka mkpụrụokwu ole na ole nọ n' usoro nwere ngwaa na ngbota mana ọ bụghị ahịrịokwu. Ahịrịokwu na – enwe nghọta zuru oke karịa nke bia hịrị,. ihi ọ chọra mmejụ Otu aka ahụ nkebiahịrị na - enwe nghọta zuru oke karịa nkebiokwu . Ngwaa na – enye nghọta zuru oke n' usorookwu.

**NJIRIMARA NKEBIAHỊRỊ:**

1. Ọ na – enwe ngwaa n' ime ya.
2. Nkebiahịrị na – achọkarị mmeju ka nghota ya wee kwụrụ chịm chịm
3. Ajụjụ ga - esorirị nkebiahịrị ọ bụla Ịmmatu – " Onye isi anyị kwuru … ma ọ bụ" Oge eruola ….." Mgbe e kwuru okwu dị otu a, anyị ga - ajụrịta otu ajụjụ ga – eme ka onye ahụ kwupụtachaa ihe ọ chọrọ ikwu. Ajụjụ a ga -ajụ na ha bụ : " Gịnị" ka onye isi kwuru? Gịnị ka oge ya ruru?

## IHE ỌMUME:

1. Gịnị bụ nkebiahịrị?
2. Nye ọmụmaatụ nkebiahịrị abụo.
3. Depụta njirimara nkebiahịrị abụọ ị maara.

## NCHỊKỌTA:

Anyị akọwapụtala na nkebiahịrị bụ mkpụrụokwu ole na nọ n' usoro nwere ngwaa na nghota ya ezuchaghị oke n' ihi ọ chọrọ mmeju . Dị ka ahịrịokwu sin nwee nghọta zuru oke karịa nkebiahịrị n' ihi ọ chọrọ mmeju, otu ahụkwa, nkebiahịrị nwere nghọta karịa nkebiokwu n' ihi o nweghị ngwaa .

## NNWALE:

1. Họpụta nke bụ nkebiahịrị na ndị a :

   a. Ya na enyị ya.

   b. Anyị riri nri.

   Ch. Ada maara.

   d. Ndị ahụ bịara

2. Olee nke enwere ike kewaa abụọ n’ime ahịrịokwu ndị a?

   a. Oji ego ahụ ebe a

   b. Ọ maara na o jighi ego

   ch. Anyị amaghi

   d. O na – adi ha ụto

3. Ka ihe a na – ekwu zuo oke, nkebiahịrị chọrọ otu n’ ime ndị a

   a. ajuju

   b. Ahịrị

   ch. Nnyemaka ngwaa

   d. O nweghị

4. Depụta ndịiche abụọ nke ọ bụla dị n’ etiti nkebiokwu na nkebiahịri

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3.* University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 5: NKENỤỤDI NKEBIAHIRI NA ỌMỤMAATỤ HA.

## MMALITE:

Na yunit 4 a, kọwapụtara ihe nkebiahịrị pụtara ma zipụtakwa njrimara otu o kwesịrị. O doola anya na nkebiahịrị bụ mkpụrụokwu ole na ole nọ n' usoro nwere ngwaa na nghota mana nghọta ya ezuchaghị oke dị ka ahịrịokwu n'ihi ọ chọrọ mmeju. Na yunit a, a ga-elebazị anya n'udi nkebiahịrị dị iche iche. Ọ dị mkpa ebe a, ịkowapụta ihe na-egosipụta ma ọ bụ njirimara nkebiahịrị e nwegasirị . Njirimara a bụ udị njuajụjụ eji ewepụtacha mmeju nkebiahịrị. Ụfodụ njụajụjụ chọrọ ịma Ihe mere n'a hịrịokwu.

## MBUNUUCHE:

Mgbe a kuzichara ihe dị na yunit a, ị ga-enwe ike:

1. Depụta nkenụụdụ nkebiahịrị dị iche iche.
2. Kọwapụta ihe nke ọ bụla pụtara ma zipụtakwa njirimara nkemụụdị nkebiahịrị ndị a.
3. Kọwapụta ọmụmaatụ ole na ole iji gosipụta ụdị ya dị iche iche.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Leruo anya ala gụọ yunit a ka I nwee ike zaa ajụjụ ndị dị n' ihe ọmụmụ nke nnwale. Gbaa mbọ zaa a jụjụ ndị a jụrụ,

### NKỌWA OKWU:

A ga-edepụtasị mkpụrụokwu ndị rara ahụ ebe a: chopụta ma denyesịa n' oghere dị n'okpuru.

___________________________________________

___________________________________________

___________________________________________

## IHE ỌMỤMỤ:

## NKENỤỤDỊ NKEBIAHỊRỊ NA NJIRIMARA HA:

E nwere ụdị nkebiahịrị dị iche iche . A ga-edepụta ma tụlee ụdi nkebiahịrị e nwegaịrị bịakwa zipụta njụajujụ e ji ama nke ọ bụla. Ha bụ ndị a:

1. nkebiahịrị keaha
2. nkebiahịrị kenkọwa
3. nkebiahịrị kenkwuwa

1. **NKEBIAHỊRỊ KEAHA:**

Nke a bụ ụdị nkebiahịrị e ji mkpoaha emebe. Ọ na-arụ ọrụ dị ka aha si arụ n' ahịrịokwu.

## ỌMỤMAATỤ:

i. Ọ jụrụ na ọ gaghị eme ya

ii. O kwuru ka ha mee ya

ii. Ọ sị na ọ ga – eme ya

N' ọmụmaatụ ndị a, a ga – ahụ na 'gịnị'jiri nwere ike nochie anya nkebiahịrị ndị ahụ a kanyere ihe n'okpuru. A tụgharịa ahịrịokwu ndị ahụ ha aghọọ ahịrịajụjụ dị ka:

a. Ọjụrụ gịnị?
b. O kwuru gịnị?
ch. Ọ sịrị gịnị?

Ọ bụ n' ihi na nkebiahịrị ndị a na – arụ ọrụ aha kpatara 'gịnị' jiri nwee ike nọchie anya ha. Ụ dị nkebihịrị a nwere ike ịnọkwa n' isiahịrị dị ka Isiokwu.

2. **NKEBIAHỊRỊ KENKỌWA:**

Nke a bụ ụdị nkebihịrị nke e si na nkọwaaha enweta/. Ọ na-akọwa aha nọ n' ime ahịrịokwu ahụ.

## ỌMỤMAATỤ:

a. Onye bi ebe a bụ nna m.
b. Nwoke wepụtara ihe a bụ onye ohi
   Njụajụjụ ' Onye' nwere ike izipụta Ụdị nkebiahịrị a.

3. **NKEBIAHỊRỊ KENKWUWA:**

Ọ na – ezipụtakwa oge, ebe, ihi, usoro, mbụrụ, dgz, Ọ na - ajụkarị ajụjụ ndị a:-

Olee oge?

Otu ole?

Ginị ga–eme?

## ỌMỤMAATỤ:

i. Ọ nụrụ ya tụpụ ha ekwuwe okwu- keoge
ii. Irie ya, ị ga – ebu ibu – kembụrụ
iii. Ọrụ ubi esula n' ihi mmiri zoro – keihi
iv. Ụzọ nụọ ọgwu a, ọ ga – agbake – kembụrụ.

Ụdị nkebiahịrị nkwuwa keoge, keihi, kembụrụ na – ezipụta ụdi njụjụjụ ga- agabso ya. Dị ka n' ọmụmaatụ (i) na (ii) njụajụjụ na – egosipụta ha ga – abụ " ole mgbe " ? ma ọ bụ ' olee oge? N' ọmụmaatụ (iii) na (v) , njụajụjụ na – egosipụta ha ga – abụ ' Gịnị ga – eme'?

## IHE OMUME:

1. Depụta nkenụụdị nkebiahịrị atọ ị maara
2. were omụmaatụ abụọ zipụta nke ọ bụl I dere
3. Kedụ nke bụ nkebiahirị keaha n ndị a?
   a. Onye bi ebe a bụ nna m.
   b. O kwuru na ọ ga – eme ya
   c. M ga- abia ma m nwee ohere

## NCHỊ KỌTA:

Na yunit a, odoola gị anya na e nwere ụdị nkebiahịrị dị iche iche n' asụsụ Igbo. A kọwapụtala ihe nke ọ bụla n' ime ha pụtara ma gosipụtakwa njụajụjụ eji ama ha. Ọmụmaatụ dị iche ka ejikwara gosipụta nke ọ bụla.

## NNWALE:

1. Kedụ otu ndịiche dị n' etiti nkebiahịrị keaha na nkebiahịrị kenkọwa ?
   Njụajụjụ na – ezipụtakarị nkebiahịrị keaha bụ otu n'. ime ndị a:
   (a) nkọwa?
   (b) Gịnị?
   (ch) olee?
   (c) Ha niile
2. Kedụ ụdị nkebiahịrị nke a bụ " O ruo n' abalị….."
3. Olee njụajụjụ ga – ewepụta nkebiahịrị nwere ike mejupụchaa nkebiahịrị a:
   "Obi amaghi……"
   (a) Gịnị ?
   (b) Kedụ?
   (ch) Olee?
   (d) O nweghị.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBIA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 6: IHE AHỊRỊOKWU PỤTARA NA NJIRIMARA YA

## MMALITE:

N'ime ụmụ anụmanụ niile, e nwere n' ụwa, ọ bụ naanị mmamdụ na – ekwu okwu . Okwu a mmadụ na –ekwu mere ka mmadụ pụọ iche n; ebe ụmụ anụmanụ ndị ọzọ nọ O mekwara ka mmadụ nwee ike ịmata ihe; nwee ezi nghọta n'onwe ya ma nweekwa ike ịchịkọta ụmụ anụmanụ ndị ọzọ dị n' okpuru ya. O nweghị anụmanụ ọzọ nwere ike ikwu okwu ma e wezuga mmadụ. Oge mmadụ na – ekwu okwu, ọ na – ekwupụtasị mkpụrụokwu dịgasị iche iche.

Mgbe ụfọdụ, otu mkpurụokwu nwere ike inwe nghọta mana ọtụtụ mgbe nke a anaghị adịcha ire. Iji mee ka e nwee ezi nghọta zuru oke n; ihe mmadụ na ekwu, a na – enwe mkpụrụokwu ole na ole ga – agakọta onụ n' usoro dị mma. Mkpụrụokwu ndị a ga-enwekwa ngwaa nke ga – eme ka nghọta ha zuo oke. Mgbe nke a mere, ka a na – asị na enweela ahịrịokwu nke mmadu ji akọwapụta echiche ya oge ọ na – ekwu okwu.

## MBUNUCHE:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, Ị ga – enwe ike:

1. Kọwaa ihe bụ mkpụrụokwu
2. Mata usoro dị mma mkpụrụokwu tosịrị ịgbaso iịi nwee nghọta
3. Mata na otu njirimara ahịrịokwu nwere bụ na ọ ga enweịrị mkpụrụọkwu.
4. Matakwa ihe ngwaa pụtara.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

1. Gụọ nkọwa e nyere ahịrịokwu na njirimara ya nke ọma
2. Gbalịa ghọta ihe nkeji ọ bụla na – akọwa tupu ị gafee na nkeji nke ọzọ
   E lekwala anya n' aziza e nyere maka ihe omume, ewezụga mgbe ị zachara ajụjụ ndị a n' onwe gị.

## NKỌWA OKWU:

Ngwaa - mkpụrụokwu na – eme ka ahịrịokwu nwee nghọta zuru oke. Mkpụrụokwu – mkpụrụasụsụ abụọ ma ọ bụ karịa kwụrụ onwe ya ma nweekwa nghọta.

## IHE ỌMỤMỤ:

## NKỌWA AHỊRỊOKWU:

Ahịrịokwu bụ mkpụrụokwu ole na ole nọ n' usoro kwesịrị ekwesị ma nwee ngwaa na nghọta zuru oke. Mkpụrụokwu ole na ole nwekwara ike dịrị n' usoro ma ọ gaghi abu ahịrịokwu. Nke a bụ mgbe mkpụrụokwu ole na ole a na – enweghị ngwaa na nghọta zuru oke .

Mgbe ụfọdụ, otu mkpụrụokwu nwekwara ike zipụta echiche na nghọta zuru oke. Ụdi mkpụrụokwu a ka a na – akpo ' ahịrịmkpụrụokwu ' ma ọ bụ ' ahịrịokwu otu mkpụrụokwu'. Otu mkpụrụokwu a bụ ahịrịokwu nwere ike bụrụ ngwaa ma ọ bụ kwanụ ọ gaghị abukwanụ ngwaa ma na ndị a na - anabata bụ ndị ngwaa dị n;'' ime ha.

## ỌMỤMAATỤ:

Kwuo,

Kụọ,

Bia,

Rie,

## IHE OMUME 1:

1. Gịnị nwere ike ime ka mkpụrụokwu ole na ole dị n' usoro ghara ị bụ ahịrịokwu?
2. Kedụ ihe a na-akpọ otu mkpụrụokwu nwere ike izipụta echiche na nghota zuru oke?
3. Kedụ ụdị mkpụrụokwu nwere ike ịbụ 'ahịrịmkpụrụokwu 'ma ọ bụ' ahịrịokwu otu mkpụrụokwu?

## NJIRIMARA AHỊRỊOKWU:

O nwere ụfọdụ ihe ndị dị mkpa e jiri mara ahịrịokwu. Ihe ndị a gụnyere

(a) Ihe mebere ahịrịokwu ga - abụrịrị mkpụrụokwu. Nke a dị otu a n' ihi na ọ bụ mkpụrụokwu dị iche iche na – agakọta ọnụ wee bụrụ ahịrịokwu dị ka anyi kwugoro na nkọwa anyi na mbụ.

(b) Ahịrịokwu ga – enweirị nghọta zuru oke . Onye amaghị asụsụ ọ na asu na – asụ asụsụ ahu, ahịrịọkwụ dị na ya gaghi ekwe nghọta Ọ ga – adị ka ọkwụ nwata na amụ ikwụ ọkwụ na – ekwụ . A ga –asi na ọ bụ naanị mkpọtụ ka onye ahu na – eme . Ya bu ahịrịọkwu ga enweriri nghota zuru oke

(ch.) Ahịrịọkwu ga – enwerịrị usọrọ.

| ASỤSỤ IGBO | ASỤSỤ BEKEE |
|---|---|
| Nwoke ọma ahụ bịara | That good man came. |

Lezie anya nke ọma n' ahịrịokwu (i) Ị ga – ahụ na ọnọdụ mkpụrụokwu ụfọdụ dị na ya abụghị otu n' asụsụ abụọ ndị a.

## IHE OMUME II

1. Dezie ahịrịokwu ndị a n'usoro ahịrịokwu Ịgbo
a. Nri Okoro riri
b. Nwanne ya na Ada bịara ebe a.

## NCHỊKỌTA:

Na yunit a anyị akọwaala na:-

Ahịrịokwu bụ mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụokwu ole na ole nọ n' usoro kwesịrị ekwesị ma nwee ngwaa na nghọta zuru oke.

Ọzọ kwa njirimara ahịrịokwu gụnyere na :

Ahịrịokwu ọ bụla ga – enwerịrị mkpụrụokwu mebere ya.

Ahirịokwu ga – enwerịrị usoro dị mma ọ ga – agbaso

Ahịrịokwu ga – enwerịrị nghọta zuru oke

**NNWALE:**

1. Gịnị bụ ahịrịokwu?
2. Kedụ otu ihe nwere ike ime ka otu mkpụrụokwu bụrụ ahịrịokkwu ?
3. Gịnị bụ " Ahịrịmkpụrụokwu"?
4. Depụtasịa njịrịmara ahịriokwu atọ ịmaara.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 7: ỤDỊ AHỊRỊOKWU DỊ ICHE ICHE: NKỌWA AHỊRỊMFE, AHỊRỊOKWU NA AHỊRỊMGBAGWO

## MMALITE:

Ihe ọ bụla dị n' ụwa nwere nkenụụdị ya . Abịa ebe mmadụ dị, a na – enwe ndị nwoke nwee ndị nwaanyị. N' otu aka ahu, a na-enwekwa ụmụ ọkorobịa na ụmụaghọbịa ma bịa nweekwa ụmụ ntakịrị ndị nwaanyị. Otụ a ka ọ dịkwa n' ahịrịokwu. Ekewasịkwara ha n' ụdị dịgasi iche iche di ka ọdịdị ha siri dị ma ọ bụkwanu site n'usoro ha si arụ orụ. Na yunit a, I ga – amuụ ụdị ahịrịokwu dịgasị iche iche ndị putara ihe na nkeji nke mbụ bụ ahịriukwu na ahirịmfe, ahịriokwu na ahịrịmgbagwo.

### MBUNUUCHE:

Na ngwụcha ihe omụmụ a, ị ga – enwe ike:

1. Kọwaa ihe bụ ahịrịmfe
2. Kowaa ihe bụ ahịriukwu
3. Kọwas ihe bụ ahịrịukwu
4. Kowapụta ndịiche dị n' na ahịrịmfe, ahịrịokwu na ahịrịmgbagwo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

1. Gụọ nkọwa e enyere ahịrịmfe, ahịrịukwu na ahịrịmgbagwo n' otu n' otụ.
2. Gbalịa hụ na ị ghọtara nkọwa e nyere nkenụụdị ahịrịokwu ọ bụla tupu ị gafee na nke ọzọ.
3. Gbalịa zaa ajụjụ ndị a juru gị n' ihe ọmụmụ ndị e nyere gị tupu ị lee anya n' azịza e nyere maka ha .
4. Jisie ike n' onwe gị chọpụta ndịiche dị na ha.

## NKỌWA OKWU:

Nkenụụdị - Ihe nọ n' ọnọdụ dịgasị iche iche

Ọdịdị - Ụzọ ọnọdụ ihe si dị.

Ndịiche: - Ihe dị iche n' otu ihe na ibe ya

Ịyamgba: - Igwe a na – etinye onye ara ma ọ bu onye mkporọ n' aka

Ka o ghara imebi ihe

Mkpọrọ: - Ụlọ nga, ebe a na – atụkpu onye mere ihe ọjọọ.

## IHE ỌMỤMỤ:

Ahịrịmfe bụ ahịrịokwu dị nnoọ mfe na nghọta. O nwere naanị otu ngwaa n' ime ya ma na – ewepụtakwa naanị otu echiche n' ihe a na – ekwu maka ya.

Lee ọmụmaatụ ụfọdụ:

a. Anyị ga – eje ahịa
b. Ada bụ nwaanyị
c. Uchechi riri nrị.

Ahịriukwu bụ ahịrịokwu nwere isi nkebiahịrị abụọ nke njikọ na –ejikọta Isi nkebiahịrị abụọ ndị a nwere echiche abụọ ha na.

Lee ọmụmaatụ ndị a:

d. Obi kwere nkwa na ya ga – abia mana ọ bịaghị

e. Jon bụ dọkịta mana nwanne ya nwaanyị bụ onye na – atụ mgbere ahịa. Ahịrịmgbagwo bụ ahịrịokwu nwere otu isi nkebiahịrị na otu nkebiahirị ndabere ma ọ bụ karịa . Ụdị ahịriokwu a na – eweputakwa echiche abụọ mana otu na – adabere n' ibe ya.

**Lee ọmụmaatụ ndị a:**

f. Anyị zutara akwukwọ nke ọ gwara anyị zụọ.
g. Ọ burụ na ọ bịara n' elekere abụọ ọ ga – enwe nsogbu, n' ihi na ule ahu ga – ebido n' elekere mbụ nke ehihie.

## IHE OMUME:

1. Mee ahịriokwu abụọ na – egosịpụta ahirịmfe
2. Gosịputa ngwaa ndị dị n' ahịrịmfe abụọ dị na (i) n: otu n' otu
3. Mee otu ahịrịokwu na – egosịpụdta ahịrịukwu.
4. Kọwaa ihe dị iche n' ahịrịukwu na ahịrịmagbagwo.

## NCHỊKỌTA:

Na yunit a, anyi kọwara na:

1. Ahirimfe bụ ahịrịokwu nwere naanị otu ngwaa ma nweekwa naanị otu echiche ọ na – akọwapụta

2. Ahịrịukwu bụ ahịrịokwu nwere isi nkebịahiri abụọ nke njikọ na – ejikota.

3. Ahịrịmgbagwo bụ ahịrịokwu nwere otu nkebiahịrị ndabere ma ọ bụ karịa.

**NNWALE:**

1. Depụta ahịrịokwu abụọ na – egosipụta ahịrimfe
2. Depụta ahịriokwu abụọ na – egosịpụta ahịrịukwu
3. Kedụ ihe dị iche n'ahịrịmfe na ahịrịukwu?
4. Kedụ n'ụdị ahịrịokwu " igwe bụ ike" dabara na ya?

**AZIZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 8: NCHỊKỌTA MODUUL 5

## MMALITE:

Na mọdụụl a, anyị kọwara na ihe mmadụ ji dị iche n' ime ụmụ anụman ndị ọzọ bu asusu. Naanị mmadụ n'ime ụmụ anụmanụ niile na – ekwu okwu . Ọ bụkwa ahịriokwu ka eji ekwu okwuu iji mee ka ihe a na – ekwu nweee nghọta zuru oke. A bịakwa n' ahirịokwu a ga – ahụ na ihe mebere ya bụ nkpurụokwu ole na ole gakọrọ ọnụ n' ezigbo usoro ma nweekwa ngwaa. Ihe mebere mkpụrụokwu n' onwe ya bụ otu mkpụrụasụsụ ma ọ bụ nkebi mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụokwu pekarịsirị mpe nke nwere nghọta n' onwe ya . Nke a na – akọwa ihe mere mkpụrụokwu niile jiri burụ mọfịm ma na ọ bụghị mọfịm niile bụcha mkpụrụokwu.

Ụfọdụ ihe ndị na – etinye aka na – emebe ahịrịokwu gụnyere nkebiokwụ na nkebiahịrị Nkebiokwu anagbị enwe nghọta zuru oke n' ihi na ọ naghị enwe ngwaa, mana nkebiahirị na enwe ngwaa. N' agbanyeghị na ọ na - na enwe ngwaa , ọ naghị enwekwa nghọta zuru oke n' ihi na ọ chorọ mmeju. Otu osila dị, nkebiokwu. Nkebiahịrị na ahịriokwu nwechara nkenuụdụ ha dịgasi iche iche. Anyị ga - aga n' ihu n' irurtụ ha aka n' otu n' otu .

## IHE OMUME :

1. Kọwaa ihe ị ghọtara bụ mkpuruokwu
2. Ginị bụ nkebiokwu?
3. Gịnị bụ mọfịm?
4. Depụta ụdị nkebiokwu abụọ ị maara

Nkebiahịrị bụ mkpụrụokwu ole ole dị n' usoro kwesịrị ekwesị nwere ngwaa na nghọta mana nghota ya ezughị oke. Ihe mere ngọta jiri zuchaghị oke bụ na nkebiịrị anaghị enwe mmejụ. Otu njirimara nkebiahịrị bụ na ọ na –enwe ngwaa. Nke ọzọ bụ na nkebiahịrị abụghị ahịrịokwu kpọm kwem. N' agbanyeghị na ọ na enwe nghọta. Nghọta ya anaghị ezu oke, n' ihi na ọ nweghị mmeju. Nkebiahịrị nwekwere nkenụụdụ atọ. Ha gunyere nkebihịrị nkeaha, nkebiahịrị kenkọwaaha na nkebiahịri kenkwuwa.

**Lee ọmụmaatu ha**

1. Obi riri nri ahụ ( Nkeaha )
2. Onye bi ebe a bụ onye nkuzi (kendowaaha )
3. Osiri nri tupu ha alaa. (Kenkwuwa)
4. Kaa na – ekwu, osisi ahụ adaa. (Kenkwuwa)

Ndị niile a kanyerer akara n' okpuru na – egosipụta ụdị nkebiahịrị digasị iche

## IHE OMUME II

1. Gịnị bụ nkebiahịrị?
2. Depụta otu njirimara nkebiahịri ị maara

3. Depụta udu nkebiahịrị atọ e nwegasịrị

Ahịriokwu bụ mkpuru okwu ole na ole nọ n' usoro kweịrị ekwesị ma nwee ngwaa a nghọta zuru oke. Njirimara ahịrịokwu e nwere dịatọ. Nke mbụ bụ na ihe mebere ahịriokwu ga – abụriri mkpụruokwu. Nke abụọ bụ na ahịrịokwu ga- enwerịrị nghọta zuru oke ebe nke ato bụ na ahịrịokwu ga – enwerịrị usoro.

E nwekwere nkenụụdị nkwnụụdị ahịrịokwu dịgasị iche iche. Ha gụnyere ahirịmfe ahịrịukwu, ahịrịmgbagwo, na ndị ọzọ.

## IHE OMUME III:

1. Gịnị bụ ahiriọkwu?
2. Depụta njirimara ahịrịokwu ato ị maara
3. Depụta otu ihe dị iche n' etiti nkebiokwu na ahịriokwu
4. Depụta ụdị ahiriọkwu abụọ ị maara ma nye ọmụmaatụ nke ọ bụla

## NCHịKỌTA:

Na yunit a, anyi amụọla isiokwu ndị a:

Ihe nkebiokwu pụtara, njirimara ya na nkenụụdị ya .

Ihe mkpụrụokwu na mọfịm pụtara tinyere njirimara ha.

Ihe nkebiahịrị pụtara, njirimara ya, nkenuudị ya na ọmụmaatụya.

Ihe ahịrịokwu pụtara. Njirimara ya, nkenụụdị ya na ọmụmaatụ ha dị iche iche.

## NNWALE :

1. Gosipụta ndịiche dị n' etiti mkpụrụokwu na mọfịm
2. Depụta ụdị ahịrịokwu atọ I maara ma nye ọmụmaatụ nke ọ bụla
3. Depụtasịa ụdị nkebiahịrị atọ e nwegasịrị
4. Kedụ ndjiche dị n' etiti nkebiahịrị na ahịrịokwu.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA:**

**EDENSIBỊA**

Lee Edensibia dị na site na yunit nke mbụ ruo na nke asatọ. N' ime ha ka esi

weta ihe ndị e dere.

# MODUUL 6: NKEJIASỤSỤ

## YUNIT 1 : AHA NA NKENỤỤDỊ AHA: AHAAKA , AHAIZUGBE, AHAOTU, AHAUCHE, AHANGỤTA, NA AHAAGỤTAGHI, NJIRIMARA AHA.

## MMALITE:

Ihe ọmụmụ anyị nwere ugbu a bụ otu n'ime nkejiasụsụ Igbo. Ọ bụrụ na nwa akụkwọ Igbo ọ bụla amụta ihe gbasara 'nkejiasụsụ Igbo na kwa ihe ndị mejupụtara ya ọ gamielarị n' utọasusụ igbo . Ihe anyị ga – eleba anya na ya na yunit a bụ: Aha, nkenụụdi ya na njirimara ya.

## MBUNUUCHE IHE ỌMỤMỤ A:

Tupu anyị abanye na ya, ka anyị lebagodu anya na:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

1. Kọwaa ihe nkejiasụsụ pụtara
2. Kwuo ihe ndị mejupụtara ya.
3. Kpụpụta nkenụụdi aha ndị e nwere
4. kwuo njirimara aha.

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT A**:

1. Tinye uche n' ihe ọmụmụ a ka inwee ike ghọta ya nke ọma
2. Gbaa mbọ chọpụtachaa nkọwa lkwu ndị I ghọtachaghị nke ọma A kọwara ha n' ebe a.
3. Gbatịakwa zaa ajụjụ ọ bụla a jụrụ gị n' ihe omụmụ a. ma nke ị ga – aza n' obi gi. Ma nke I ga – edetu dị ka a gwara gị mee
4. Gi zaala ajujụ ndị a, chọpụta ma ị zatara ihe a tụrụ anya site n' azịza onye nkuzi nyere na ngwụcha.
5. Nke ị ghọtaghị, hụ onye nkuzi gị maka ya mgbe gị nay a ga – ahụ
6. Gị nwee ike, rụtụ akwụkwọ ndị ụfọdụ e depụtara gị aka iji nyekwuoro gị aka .

I mee ihe niile ndị a, agwara gị mee, I laferela n' ihe ọmụmụ a.

**NKỌWA OKWU:**

1. Itinye uchu n' ihe :- Iji ihe mmadụ na – eme kporọ ihe, wee site na ya mepụta ezigbo ihe
2. Mmaa/ mmeeee – Ube / utu / akwa/ ụrịa ewu. Ọ bụkwa aha a na – akpọ ewu.

3. D.g.z :- dere gawazie
4. Osikapa :- raịsị (ihe oriri).

## IHE ỌMỤMỤ:

**NKEJIASỤSỤ:**

Nke a bụ nkeji dị iche dị n’ ụtọasụsụ. ndị na – arụ ọrụ n’otu n’ otu ‘ ụzọ nke ha, iji gosipụta ọtụ mkpụrụokwu ọ bụla na – arụ n’ ahịrịokwu. Ka anyị matakwa na enwere ike ịchịkọta nkejiasụsu Igbo n’ ụzọ isii dị ka: (i) MKPỌAGA, nke ihe ndị mejupụtara ya bụ:

Aha

Nnochiaha

ọnụọgụgụ

‘njụajụjụ . Leendị ọzọ na ihe ndị mejupụtara ha.

2. **NKỌWAAHA:-**

   nkọwa

   nrụaka

   mkpọkọta

3. **NGWA:**

   ngwaa

   omekangwaa

   nnyemakangwaa

   mfnitiivu

   jerọndụ

4. MBỤỤZỌ
5. NJIKỌ
6. MGBAKWUNYE NA NSOKUNYE:

E nwekwara ndị ọzọ so na nkejiasụsụ Igbo kama ha akwụrụghị iche dị ka ndị a a kpọrọ aha. Ha bụnkwuwa na ntimkpu.

Ma a chịkọghị nkejiasụsụ n’ uzọ isii, ọ di mkpa ka ịmara na nke ọ bụl nwere ike ịkwuru n’onwe ya. Ọ dikwukwa mkpa ka ị mara na nkejiasụsụ Beke dị asatọ. I nwere ike ịkpọpụta ha? Gbalịa mee nke a ma ọ bụkwanụ chọpụta ha

**AHA:-**

Nke a bụ ihe a na – akpọ mmadụ ebe ma ọ bụ obodo ma ọ bụkwanụ ihe ọ bụla ọzọ a na – ahụ ma ọ bụ a na – anụ n' ụwa. ọmụmaatụ.

**MMADỤ**

Chigozie Okoro

Chibuzo Opara

**EBE/ OBODO:**

Naijirịa

Owere

Lagos

**ANỤMANỤ:**

Ewu

Ọkụkọ

**IHE ỌBỤLA ỌZỌ** :-

Oche

Osisi

Elu

ala

ịhụnanya

**NKENỤỤDỊ AHA:**

1. Ahaaka :- Nke a bụ aha e new ebwe di iche maka otu onye ma ọ bụ otụ ihe ma ọ bụkwanụ ebe. Ọmụmaatụ;-

   Ahaaka mmadụ: Ugochi, Njoku, Ada, Obi

   Ahaaka Obodo: Naijịrịa, London

   Ahaaka Ihe: Osimiri Naija, Eke Ututu, Amadioha, Ibini Ụkpabi, Nkịta, Nza, Ọkpọ.

   Ahaaka na-ejikarị mkụrụ edemede ukwu ebido n'agbanyeghị ebe ha nọ n'ahịrịokwu.

2. Ahaizugbe: Nke a bụ aha metụtara otụtụ ihe ọnụ, mgbe ọ bụla a kpọrọ aha a, ọtụtụ ihe na – agbapụta bia za ya. I nwere ike inye ọmụmaatụ ya ugbu a? Lee ọmụmaatụ ndị a:

Mmadụ

Obodo

ahịa

anumanụ

nwoke

nwaanyị. A naghi eji mkpụrụ edemede ukwu ebido ha sọọsọ ma ha bidoro ahịrịokwu.

## IHE OMUME 1:

1. Gịnị bụ aha ?
2. kedụ nkejiasụsụ ọ no na ya?
3. Ginị bụ nkejiasụsụ?
4. Kpọpụta nkenụụdị ya.

Ka anyị gaakwa n'ihu

4. Ahauche: Nke a bụ aha a ne- eji uche aghọta. A naghi ahụ ya anya.

Ọmụmaatụ:-

Ịhụnaanya

Obiọma

Anụrị

Asị

ọnwụ

ndụ

Ahangụta:- Nke a bụ aha ndị e nwere ike ịgụta agụta. Ngwa.

Legharịa anya ka ị nye ọmụmatụ ya. Tulee ndị a:

Mmadụ

ụlọ

oche

nkwago

ego

6. Ahaagutaghi: Nke a bụ aha ndị e nweghị ike iguta aguta. I nwere ike inye ọmụmaatu ha ugbu a? Lee ndị a:-

Mmiri

ọbara

mmanya

osikapa

nnu

garị

Ka anyi chọpụta njirimara aha .

**NJIRIMARA AHA:**

1. E ji ya ama ihe dị iche ma nke a na – ahụ anya ma nke a naghị ahụ anya.
2. A na – eji mkpụrụedemede ukwu ebido ahaaka
3. Ọ na –anọkari n'isi ahịriokwụ
4. Ngwaa na-egosikarị ihe ọ na –eme

## IHE OMUME II :

1. Depụta ahauche atọ
2. Were nke ọ bula mee otu ahịrịokwu
3. Nye otu ọmụmaatụ ahangụta
4. Nye otu ọmụmaatụ ahaagụtaghị

(chọpụta ma ị zatara ha site n' azịza dị n' ikpeazụ).

## NCHỊKỌTA:

N' ihe ọmụmụ a, anyi mụrụ ihe banyere nkejiasụsụ dị ka nkeji dị iche iche dị n' utọasusụ nke na – egosi ọrụ mkpụrụokwụ ọ bụla na – arụ n' ahịrịokwu gakwara n' ihu mụọ nkenụụọdị nkejiasụsụ di ,ka:

1. Mkpọaha, n ke aha, nnọchiaha, ọnụọgugụ na njụajujụ mejụpụtara
2. Nkọwaaha, nke nkọwa, nrụaka na mkpọkọta mejụpụtara
3. Ngwa, nke ngwaa , omekangwaa, nnyemaka ngwaa, mfinitịivu na jerọndụ mejupụtara.
4. Mbuụzọ
5. Njikọ
6. Mgbakwunye na Nsokwunye

   Anyị, gakwara n'ihu mụọ maka aha na nkenuụdị ya dị ka.

   i. ahaaka ii ahaizugbe iii. Ahaotu iv. Ahauche v. hangụta ii. Ahaagụtaghi

Anyi  hụtara  na aha bụ ihe a na – akpo ma mmadụ ma ebe ma ọ bụ obodo ma ọ bụ ihe ọ bụla ọzọ.

Anyị mụkwara gbasara njirimara aha . Ama m na ihe a edoola gị anya ugbu a .

Olee **NNWALE:**

1. Kedụ ihe aha jiri dị mkpa n' asụsụ?
2. ndịiche  dị n'etiti ahaaka na ahauche?
3. Depụta ndịiche dị n' etiti  ahangụta na ahaagụtaghi
4. Nye omụmaatụ ahauche abụọ.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DI NA  NGWUCHA:**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 2 : NKỌWA IHE NNỌCHIAHA PỤTARA. NA ỌRỤ NNỌCHIAHA N'AHỊRỊOKWU.

## MMALITE:

Nnọchiaha, dị ka anyị rụtụrụ aka bu otu n'ime ụmụ mkpọaha. N'ihe ọmụmụ anyị ga – eleba anya na nnọchiaha; ihe ọ pụrara. Nkenụụdị na ọru ya n' ahịrịokwu.

## MBUNUUCHE IHE OMUMU A :

Na njedebe ihe ọmụmụ a, ị ga –enwe ike;

1. ịkọwa ihe nnọchiaha pụtara
2. Ikwu nkenụụdị nnọchiaha
3. Ikwu ọrụ nnọchiaha n' ahịrịokwu

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A :

1. Tọọ ntị gị n' ala, chịrị akọ na uche gị n'aka ma werekwa anya gị, mkpịsị edemede gị na akwụkwọ gị jikere maka ihe omụmụ a.
2. Zaa ajụjụ niile a jụrụ gị.
3. Chọpụtakwa ma ị zatara ha site n'azịza dị na ngwucha
4. Gbalịa rụtụ akwụkwo ndị e depụtara ga – abara gị, uru aka.

## NKỌWA OKWU:

1. Ịtọ ntị n'ala: Ige ntị nke ọma
2. Ịchị akọ na uche n' aka : Ijiri akọ na uche mee ihe
3. Mkpoolu: ihe bụ otu
4. Ubara/ uju: ihe karịrị otu
5. Chọpụta mkpụrụokwu ndị ọzọ ị ghọtachaghị ma kọwaa ha.

## IHE ỌMỤMỤ:

## NNỌCHIAHA:

Nke a bụ okwu na – anọchi aha n' ahịrịokwu ma na – arụ ọrụ aha na – aru na – etinye ya n' ọnọdụ aha kama a gana – akpọ aha ugboro ugboro ka okwu gaa wereweren'ọnụ dikwa ụtọ na nti. Ọmụmaatụ: Ọkwuchi bụ nwanne m Okwuchi bu exigbo mmadụ. Kama a ga na – akpo

Dabara adaba dochie

Okwuchi bụ nwanne m nwaanyi

Ọ mara mma

Ọ buru ibu

Ọ bụ ezigbo mmadụ

N’ebe a, Ọ na Ọ bụ nnọchiaha e jiri dochie aha by ‘ Okwuchi”

**KENỤỤDỊ NNỌCHIAHA:**

E nwere ike ikewa nkenụụdị nnọchiaha n’ụzọ atọgba’ ọkpụrụkpụ Ha bụ:

a. Nnọchionye b. Nnọchimpesịrị na ch. Nnọchinke

**NNỌCHIONYE:**

Ị ga – achọpụta na nke a dị ka aha ya siri dị na – anọchite anya na – anọchite anya aha onye ma ọ bụ ihe. O nwere ngu dị ka ọnọdụ ya siri dị . Ọ dịkwa na mkpoolu na n’ụbara ma ọ bụ uju . Lee chaati a:

| Onye/ Pesin na Ngu | Mkpoolu | Ubara. Uju |
|---|---|---|
| “ “ nke mbụ<br>“ “ nke abụọ<br>“ “ nke ato ọ | m/mụ<br>gị/Ị/ị<br>ya /Ọ/O | Anyi<br>ụnụ<br>ha |

E nwekwara ike ịkpọ ha ‘nnọchiaha aha‘.

Tinye ha n’ahịrịokwu dị ka;

i. M/mụ na – abịa (mkpoolu)
ii. Anyị na – abịa (ụbara/ uju)
iii. Gị ga - ahụ maka ya (mkpoolu)
iv. Ị ga – ahụ maka ya ( “ )
v. Ị kwuru okwu ( “ )
vi. Ụnụ ga – ahụ maka ya ( ụbara/ uju)
vii. Ụnụ kwuru okwu ( “ “ )

**b. NNỌCHIMPESIN:**

Nke a anaghị akpọ ihe ọ na – anọchite anya ya aha kpọmkwem Ọ naghị enwe pesin na ngu nke ọ na – enwe mkpoolu na ụbara. Mkpoolu ya na ụbara ya bụ otu Ha di abụọ, ‘a’ e’ di ka ndakọrita ụdaume siri wee dị

Lee ọmụmaatụ site na chati a na – eso.

| Nnochimpesin | Mkpoolu | Ubara/ Uiu |
|---|---|---|
| A (a) | A (a) | A (a) |
| N’ahịrịokwu: | | |
| | Ọ sin a a kụru aka | O sin a akuru aka |
| E (e) | E (e) | E(e) |
| N’ahịrị okwu | | |
| | E gburu ewu | E gburu ewu |
| | O si na egburu ewa | |
| | | O sin a egburu ewu |

(ch). **NNỌCHINKE:**

Nke a na – anọchi ihe metụtara mmadụ ma ọ bụ ihe, ma ọ bụkwanụ ihe onye nwe.

Ihe ndị mejupụtara ya bụ :

NNỌCHIAHA MMETUTA: Ọmụmaatụ: Lee nne m

**NNỌCHIAHA NNWE:** Ọmumaatụ: Ewu a bụ nke m

NNỌCHIAHA NLỌAZỤ MA Ọ BỤ NZEREUME:- Ọmụmaatụ:

Esiri m nri ahụ n’ onwe m.

## IHE OMUME 1:

1. Gịnị bu Nnọchiaha?
2. Olee Nkenụụdị Nnọchiaha ndị e nwere?
3. Nye ọmụmaatụ nke ọ bụla.

(chọpụta ma ị zatara ajụjụ ndị a sịte n’ebe a zara ha na ngwụcha).

Ka anyi gaakwa n’ihu.

**ỌRỤ NNOCHIAHA N’AHỊRỊOKWU:**

1. Ọ na-anọchi aha.
2. Ọ na-arụ ihe aha na-aru.

**NJIRIMARA NNỌCHIAHA:**

(a) Ọ na – anọchi aha

(b) Ọ na – anọ na mkpoolu na kwa n’ ubara

(c) Ọ na – agbaso ndakọrita ụdaume

(d) Nnọchionye na nnọchipesin an – akwụrụ onwe ha n’ ahiriọkwu

## IHE OMUME 11:

1. Depụta ọrụ Nnọchiaha n’ ahịrịokwu.
2. Kedụ ihe bụ njirimara Nnọchiaha?

## NCHỊKỌTA:

N’ihe ọmụmụ anyị a, anyị murụ ihe gbasara nnọchiaha nkenụụdị na ọrụ ọ na-arụ n’ahịrịokwu. Anyi hụtara nnọchiaha dị ka okwu na-anọchi aha, na-arukwa ọrụ aha na arụ n’ahịrịokwu. Nkenụụdi ya bụ; nnọchionye, nnọchimpesin, nnọchinke. Nnọchiaha na agbaso ndakọrita ụdaume.

## NNWALE:

Zaa Ajụjụ ndị a:-

1. Keedụ ndịiche atọ dị n’etiti ‘Aha’ na ‘Nnọchiaha’?
2. Were ahịrịokwu anọ kpọtụrụ otụ onye aha, kọwaa ihe nnọchiaha bụ.
3. Depụta chaa nnọchionye niile.
4. Depụta nnọchiumpesịn ma nye ọmụmaatụ ha n’ahịrịokwu.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 3:  ỌNỤỌGỤGỤ IGBO:

## MMALITE:

Ka anyị cheta na anyị ka na – amụ ihe banyere nke, iasụsụ Igbo. N' ihe ọmụmụ anyị taa, anyị ga – eleba anya n' onụọgugụ, nke bu  otu  n' ime ihe  ndị mejupụtara mkpoaha

Ọnụọgugụ dị oke mkpa  na ndụ, site  n' ezinaụlọ ruo na mgbere  ahịa , n'ụlo akwụkwọ tumadụ n' ihe  gbasara  mgbakọ na mwepụ. Ọzọ kwa, n'ihe gbasara ịgụkọ mmadụ na ihe ọnụ, nke a na – eme kwa , n'ihe  gbasara  ịgụkọ mmadụ na ihe ọnụ nke a na – eme  kwa mgbe, kwa mgbe.

## MBUNUUCHE IHE ỌMỤMỤ A:

Na ngwụcha ihe  ọmụmụ a, ị ga – enwe  ike .

1. kọwaa ihe ọnụọgụgụ bụ
2. Kwuo ihe ndị a na – agbakwasa ụkwụ mgbe a na –eme ọnụọgụgụ
3. Kwupụta udị ọnụọgugụ ndị e nwere
4. nye omụmaatụ ụdị ọnụọgugụ ndị  enwere
5. depụta ọnụọgugụ ndị na mkpụrụ ma ọ hụ  n;asusụ Bekee na  asụsụ Igbo .

**NKỌWA OKWU** :

Ịsa  any a mmiri: Ilezi anya nke ọma (Ọ bụ akpaalaokwu)  chopụta mkpurụokwu ndị  ọzọ gbara gị gharịị  ma kọwas ihe ha bụ.

## IHE ỌMỤMỤ:

N' atụfụghị oge, ka anyị  banye n'ihe  ọmụmụ anyị bụ ọnụọgugụ igbo. Gịnị bụ ọnụọgugụ?

**ỌNỤỌGỤGỤ:**

Ọnụọgụgụ bụ usoro  eji agụ ihe. Sitte na nkọwa a,  enyere,  ọnụọgụgụ ma ọ bụ nọmba igbo  bụ usoro ogụgụ ihe n' ala igbo  ma ọ bụ n' asụsụ  Igbo Ọ bụ otu  n; ime umu mkpọaha dị ka a  kpotụrula aha . O nwekwara ihe  ndị a na – agbakwasa ụkwụ mgbe a na –eme onụogugụ  Igbo. Ọ na – anọ ọnọdụ dị ka mkpọaha  Ọmụmaatụ:-

Abuọ ka anyi were. Otu  ka  m tara .

Ka anyi tulezie:

**IHE NDỊ ANA – AGBAKWASA ỤKWỤ MGBE A NA – EME ỌNỤỌGỤGỤ ‘ IGBO:-**

| | | |
|---|---|---|
| 1. | 0 | Efu |
| 2. | 10 | Iri otu |
| 3. | 100 | Narị |
| 4. | 1000 | Puku |
| 5. | 1,000,000 | Nde |
| 6. | 1,000,000,000 | Ijeri |

Ihe mgbakwasa ụkwụ a gafere ogo a, mana dị ka ihe ọmụmụ a siri dị, anyị agaghị agafe ogo a.

Tupu anyị agaa n’ihu, anyị agaa n’ihu, anyị ga – atule ụdị ọnụọgụgụ ndị anyị nwere Ha bụ ndị a:

1. Ọnụọgụgụ nkịtị ma ọ bụ nọmba :
   Ndị a bụ ndị e ji agụ ihe, na –emekwa mgbako, mwepụ na mmụba Ọmụmaatụ ha bụ ndị a:

| | |
|---|---|
| 0 | Efu |
| 1 | Otu |
| 2 | abụọ |
| 3 | atọ |
| 4 | Anọ |
| 5 | Ise |
| 6 | isiị |
| 7 | asaa |
| 8 | asatọ |
| 9 | Itoolu |
| 10 | iri |
| 11 | Iri na otu |
| 12 | iri na abụọ |
| 20 | iri abụọ |
| 99 | iri itoolu na itoolu |
| 1000 | otu puku |
| 1010 | otu puku na iri |

| | |
|---|---|
| 1,000,000 | otu Nde |
| 1,000,000,000 | otu ijeri |
| 1,001,000,100 | otu ijeri, otụ puku na otụ narị |

## IHE OMUME 1:

Depụta ọnụọgụgụ site na nke mbụ ruo na iri abụọ

2. Ọnụọgụgụ usoro: Na – egosi usoro e ji ahazi ihe . Ọmụmaatụ

| | |
|---|---|
| 1st | nke/ onye mbụ |
| 2nd | nke/onye abụọ |
| 3rd | nke/onye atọ |
| 100th | nke/onye otu narị |
| 1000th | nke/onye otu puku dgz. |

**3. ỌNỤỌGỤGỤ MPEMPE:**

Nke a na – egosi ihe ndị dị na mpempe . Ụdị a na – adị uzo abuọ. O tu na – adi nelu ebe otu na – adi n’ala A na-akpọ nke dị n’elu nnọneelu ebe a na – akpo nke dị n’ala nnọnaala. Dị ka: 1. Nnọneelu 2. Nnọnaala

### Ọmụmaatụ:

| | |
|---|---|
| ½ | Okara ma ọ bụ otu n’ ime abụọ |
| 1/3 | Otu n’ime atọ |
| ¼ | Otu n’ ime anọ |
| 1/5 | Otu n’ ime ise |
| 1/6 | Atọ n’ime isịị |
| 1/7 | otu n’ ime asaa |
| 23/200 | Iri abuọ na atọ n’ime nari abụọ . |

## IHE OMUME II:

Zaa ajụjụ ndị a:

Depụta ọnụọgụgụ ndị a n’ asụsụ Igbo

1. 29
2. 905
3. 5,100
4. Ten thousand, two hundred
5. One million .

## NCHIKỌTA :

N’ihe ọmụmụ a, anyị rụtụrụ aka n’ihe bụ ọnụọgụgụ Igbo na nkenụụdị ya ama m na ị ga – enwe ike guọ ma ọ bụ dee ha nke ọma .

## NNWALE:

Zaa ajujụ ndị a :

1. Deputa ọnụọgụgụ usoro ndị an’asusụ igbo:
   - a. $9^{th}$
   - b. $56^{th}$
   - ch. $103^{rd}$
   - d. $922^{nd}$
   - e. $2000^{th}$
2. Depụta ọnụọgụgụ mpempe ndị an’ asụsụ Igbo.
   - a. ½
   - b. 2/3
   - Ch. 5/7
   - d. 313/511
   - e. 414/707
3. 567 + 789, ọ bụgịnị n’ asụsụ igbo?
4. Deputa; 2345 – 1245 n’asụsụ Igbo

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤ KWỌ A**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 4: NGWAA NA NGWAA: OMEKANGWAA, MFINITIIVU, NNYEMAKANGWAA NA JERỌNDỤ

## MMALITE:

Nkejiasụsụ nke anyị ga – amụ maka ya taa bụ ngwaa. Anyị ga – elebakwa anya n'ihe ndị mejupụtara ya bụ: ngwaa, omekangwaa, nnyemakangwaa, mifinitiivu na jerọndụ. Ọtụtụ ahịrịokwu Igbo nwere ngwa, ya mere ọ dị mkpa ka ị ghọta ihe gbasara ya nke ọma.

**MBUNUUCHE IHE ỌMỤMỤ A**:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga – enwe ike:

1. Kọwaa ihe ngwaa bụ
2. Kọwaa ihe omekangwaa bụ
3. Kọwaa ihe nnyemakangwaa bụ
4. Kọwaa ihe mfinitiivu bụ
5. kọwaa ihe jerọndụ bụ

**USORO ỌMỤMỤ YUNITA** :

Mgbe ị na – amụ ihe dị na yunit a:

1. Lezie anya nke ọma
2. Were mkpịsị edemede na akwụkwọ gị iji deputa ihe ndị dị mkpa
3. Zaa ajujụ niile a jụrụ gị
4. Mgbe ị zachara ajụjụ, gbaa mbọ chọpụta ka onye nkụzị siri zaa ha na ngwucha akwụkwọ a.
5. Gi nwee oge, gbalịa rụtụ aka , n'akwụkwọ ndị a gwara gị gụọ
6. Hụ na ị mere ihe ndị a gwara gị mee, ka ị nwee ike ghọta ihe ọmụmụ a nke ọma.

## NKỌWA OKWU:

Chọpụta mkpụrụokwu ndịgbara gị gharịị ma kọwaa ihe ha pụtara

## IHE ỌMỤMỤ:

N'atụfughị oge, ka anyi banye n'ihe ọmụmụ anyị ugbu a. Ha bụ:

**NGWAA.**

Nke a bụ okwu na – egosi ihe na – eme n' ahịrịokwu. Ihe ndị mejupụtara ya bụ:

a. Ngwaa

b. Omekangwaa
ch. Nnyemakangwaa

d. Mfnitiivu na

e. Jerondụ.

**NGWAA.**

Nke a bụ okwu na – akowa kpọmkwem ihe na – eme n'ahịrịokwu. Ọ bụ ya na – enyekarị ahirịokwu nghọta zurụ oke. Ọmụmaatụ; Rie, bia, gawa, riri, kwuru, richaa.

**OMEKANGWAA:**

Nke a bụ okwu ya na nnyemakangwaa na – agakọta iji mebe ngwaa zuo oke n'ahiriokwu. Ọmụmaatụ: eme; Ọ na – eme ihe . eri; Ọ na – eri nri . eje ; Ọ na – eje ahịa. aga; Ha na – aga ụka . abịa; Anyị na – abịa.

**NNYEMAKANGWAA:**

Ndị a di abụọ. Ha na omekangwaa na – agakọta iji mee ka ngwaa zuo oke Habụ: 'na' – na 'ga'-

Ha na – ebu akarauhie (-) Ọmụmaatụ ha n' ahịrịokwu bụ:

a. Ọ na – abịa
b. Ọ na –eri nri
ch. O na – ekwu okwu

d. Ha ga – aga ahịa

e. Ha ga – eje n' ụlọ ha ?

**MFINITIIVU:**

Nke a bụ mkpụrụọkwu e sitere n' isingwaa nweta

Ana –eji nganiihu I ma ọ bụ ị emebe ya. Ọmụmaatụ:-

a. -je ………..Ije
b. -chi………ichi
ch. -si……..isi

d. -sị ……….-ịsị

## IHE OMỤMỤ I :

1. Gịnị bụ Ngwa ?
2. Kedụ ihe ndị mejupụtara ya ?

## JERỌNDỤ :

Nke a bụ aha e sitere na ngwaa mebe ma ọ bụ nweta A na – eji nganiihu o ma ọ bụ ọ, tinye n' isingwaa ma deekwa isingwaa ọzọ Ọmụmaatụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| a. | -ri- | : | oriri |
| b. | -bịa- | : | ọbịbịa |
| ch. | -kwu- | : | okwukwu |
| d. | -cị | : | ọchịchị |

## IHE OMUME II:

Were ngwaa ndị a mee ahịrịokwu:

1. gaa
2. jewe
3. kwuo
4. riri
5. mee

## NCHỊKỌTA:

N'ihe ọmụmụ a. anyị mụrụ banyere: ngwaa, omekangwaa, nnyemakangwaa , mfnitiivu na jerọndụ. Ọ bụ ha na – eme ka ahịrịokwu nwee nghọta zuru oke.

## NNWALE:

1. Nye otu ọmụmaatụ nnyemakangwa ma were ya mee otu ahịrịokwu
2. Nye otụ ọmụmaatụ ' Jerọndụ' ma were ya mee otu ahịrịokwu
3. Nye otu ọmụmaatụ ' Jerọnfụ' ma were ya mee otu ahirịokwu
4. Nye otu ọmụmaatu Mfnitiivu ma were ya mee otu ahirịokwu
5. were otu ngwaa mee otu ahịrịokwu.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

## EDENSIBỊA:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 5: NCHIKỌTA MODUUL 6:

# MMALITE:

Na moduul a ihe ọmụmụ dị n'ime ya bụ Nkejiasụsụ A bịa na nkejiasusụ ahụ a kpaturụ aka na ndị a

Aha, ahaaka , ahaizugbe , ahaotu, ahauche, ahanguta, nnọchiaha, ọnụogụgụ. Ngwaa na ụdị ya dị iche iche, nkwuwa, nkowaaha, Mgbakwunye, nsokwunye na ọrụ ha n'ahịrịokwu

Nke mbụ a kọwara nkejiasụsụ dị ka alaka e kere ụtoasụsụ Igbo. Nkejiasụsụ ọ bụla nwere ọrụ iche ọ na – arụ nke ọ bụla kwanụ na ibe ya na – ejikọta ọnụ imebe ahịriokwu zuru oke nwee ezigbo nghọta

## MBUNUUCHE:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a niile, ị ga – enwe ike:

i. ịmata nkejiasụsụ Igbo ihe ha bụ

ii. icheta ọru nkejiasusụ Igbo o bụla na – arụ

iii. hazie nkejiasụsụ ọ bụla na nkenụụdị ha

iv. jiri ha gosipụta ọrụ ha kpọmkwem

## USORO ỌMỤMỤ IHE:

1. Lezie ihe ndị a mugasirị site na nkọwa nkejiasụsụ ruo na nsokwunye
2. Chọpụtakwa ihe e dere ma ọ bụ ụzọ e si dee nkọwa nkejiasụsụ ọ bụla na ka esi eji ha emebe ahịrịokwu dị iche iche
3. Tulegharịchaa ahịrịokwu ndị e mebere emebe lee ma ha dabara adaba ma ha zipụtakwara nkejiasusụ ndị ahụ n' uzọ kwesịrị ekwesị
4. Tulekọta aha na nnọchiaha : nkwuwa na nkọwaaha, mgbakwunye na nsokwunye.
5. Mara ka ha si yie na ka ha si dị iche otu na ibe va.

## NKỌWA OKWU:

E depụtara mkpụrụokwu ndị siri ike ma o nwee ndị ọzọ depụta he ebe a

### IHE ỌMỤMỤ:

Kọwasia nkejiasụsụ ndị ahụ nke ọma dị ka aha – ihe e ji mara mmadụ ma ọ bụ ihe; nnọchaha ihe na – anaọchi aha mmadụ ma ọ bụ aha ihe .

Ngwaa ka a kọwara dị ka nkejiasụsụ na –eme ka ahịrịokwu nwee nghọta zuru oke

Nkọwaaha n’ onwe ya bụ ihe na – akọwa aha nke ọma.

Nkwuwa bụ ihe a na –agbakwunyere ngwaa ma ọ bụ nkwuwa ọzọ, ka ha

nwekwuo nghọta zuru oke n’ ahịrịokwu

Mgbakwunye bụ mkpụrụasụsụ ma ọ bụ nkebi ma ọ bụ nkeji

Mkpurụọkwu a na – einye n’ iru (ngairu ) ma ọ bụ n’azụ ya (nsonazụ),

Ma ọ bụ n’etiti (nnọetiti) ka ngwaa ahu nwekwuo ezigbo nghọta.

Enwekwara ntimkpu na njụajụjụ nke na – egosi otiti mkpu nke ana – eji akara mkpu ede dị ka Ewo ! O gbuo m!

Tinyere nke a bụkwa njajujụ nke na – ezipụta maka ajụjụ dị ka : Onye riri nri m?

Ọ burụ na a gụgharia yunit ndị a site n’isi, ị ga – amata ihe ndị a kuziri ma mataakwa ide ha nke ọma .

## IHE OMUME :

i. Gịnị bụ aha ?

ii. Olee ngalaba aha di iche iche ị maara ?

iii. Kedu uru onụọgugụ ọhụụ Igbo di ka puku, ijeri na ndị ọzọ bara ?

iv. Kọwaakwa nke ọma ihe bụ ngwaa na uru ọ bara n’ ahiriọkwu

v. Kọwaa mgbakwunye ma maaatụ ihe nkewa ọ bụla bụ

## NCHIKỌTA:

Anyị ahụla ihe nkejiasụsụ pụtara hụkwa na ihe ngalaba nke ọbụla bụ aha, nnọchiaha, ọnụọgụgụ, ngwaa, nkwuwa na nkọwaaha na nkenuụdị ha Anyị hukwara ma kọwaa ihe mgbakwunye bụ. Ịhe niile ndị a a kpọrọ nkejiasusụ na - eme ka ahịrịokwu maa mma ma nwee ezigbo nghọta.

Ejikwa ụdịrị nkejiasụsụ ndị a ama ma ha dabara adaba ma ha adabaghi n’ ahịrịokwu na ụzọ ha si choọ ahịrịokwu mma ma mee ka ha nwekwuo ezigbo nghọta.

## NNWALE:

(a) Ginị jikọtara aha, nnochiaha , ọnụgụgụ, ngwaa, nkwuwa , nnochaha, na mgbakwunye?

(b) Kedụ ihe dị iche na nkowaaha na nnọchiaha ?

(ch) Olee ihe bụ uru ịmụ maka nkejiasụsụ?

(d) Gịnị bụ ndịiche na ntimkpu na njụjụjụ?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# MODUUL 7:
# ỌRỤ ‘NA’ ‘GA’ ‘KA’ ‘DỊ KA ‘
# NA ‘KWA’ N’ AHỊRỊOKWU

## YUNIT 1: ‘NA’ DỊ KA MBUỤZỌ

### MMALITE:

Na Mọdụụl nke isii, a rụtụgasịrị aka na nkejiasụsụ dị iche iche dị ka; aha, nkọwaaha, ngwaa, nkwuwa, mgbakwunye. E nwekwara nkejiasụsụ ọzọ anyi ga – elebara anya, nke a bụ ‘Mbụụzọ’ Dị ka aha ya si dị, ọ bụ okwu na – ebutere mkpọaha ma ọ bụ mfinitiivu ụzọ.

Ọ bụ n’ahịrịokwu ka a na – ahụ mbuụzọ: Ọ bụ naanị otu mbuụzo bụ (na), ka e nwere n’ Igbo . A na – ede ya n’ ụdị abụọ ndị a – (na ) ma ọ bụ (n’)

## MBUNUUCHE:

Na njedebe ihe ọmụmụ a, I ga -enwe ike:

a. kọwalie ihe bụ mbụụzọ
b. tulee uzo abuo e si eji ‘na’ emebe mbụụzo
(ch) chọpụta ebe deziri mbuuzo edezi ma o bu e dejoro ya edejo n’ahịrịokwu

(d) depụta gasịa ahịrịokwu ụfọdụ nwere ‘na’ dị ka mbuụzụ.

**USORO ỌMỤMỤ UNIT A:**

a. jisie ike gụọ ma hụkwa na ị ghọtara okwu mmalite.
b. Leba anya, ma tulee mbunuche a na – atụ anya n’aka gị imezu na ngwụcha ihe ọmụmụ a
c. Muta nkọwapụta okwu ụfọdụ e wepụtasịrị
d. Depụtagasịa ahịrịokwu ụfodụ nwere ‘na’ dị ka mbuụzụ.

**USORO ỌMỤMỤ UNIT A**:

a. Jisie ike gụọ ma hụkwa na ịghọtara okwu mmalite.
b. Leba anya, ma tulee mbunche a na – atụ anya n’aka gị imezu na ngwụcha ihe ọmụmụ a.
c. Muta nkọwapụta okwu ụfọdụ e wepụtasịrị
d. Nomie ọmụmaatụ ọ bụla e nyere gi, ma nye ndị nke yiri ha.
e. Mee ihe omume, ma rụọkwa ihe nnwale e nyere , tụlee ọziza gi na nke e nyere na njedebe ihe ọmụmụ yunit a.

f. Gụghachị yunit a ma ọ bụrụ na ị matachaghị otu a turu anya n' aka gị
g. Hu onye nkụzi gị na stọọdị senta ma ọ bụrụ na ị nwere ọdachi n'ihe ọmụmụ a.

## NKỌWA OKWU:

**ỤDAUME:** Mgbochiume: myiriụdaume. Lee anya na nkọwa okwu ndị a:

**ỤDAUME:** mkpụrụedide ndị na –ebu ụda na akara ụda: e, I, I, o, o, u, ụ. Ha di asato.

**MGBOCHIUME**: Mkpụrụedide ndị na – abụghị ụdaume. Ha anaghị ebu, ụda pụtakarịrị ihe na mkpọpụta ha. Ha dị iri abụọ na asato. B, ch, d, f g, gb, gw, h, k kp, kw, I, m, n, nw, ny, p, r, s, sh, t, v, w,y,z

**MYIRIỤDAUME**: Mgbochiume na – akpa agwa ka ụdaume. Ha na ebu ụda na akaraụda. Ha bụ - (m) na (n)

**IHE ỌMỤMỤ: 'Na dị ka mbuụzo'**

Isi ihe ọmụmụ anyị bụ ịhụta ọrụ (na ) dị ka mbuụzọ. Matakwa na bụ sọ (na) ka eji emebe mbuụzọ n'ahịrịokwu Igbo .

(a) ODE'NA'

A na – ede 'na' dị ka mbuụzọ abụọ ndị a:- (n') na (na)

1. (n'): Mgbe a na - edebiri 'na' edebiri, were rikọm elu dochie 'a' dị na ya bụ mgbe 'na' na –ebutere okwu ji ụdaume bido ụzọ di ka :-

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| na + | **Aba**<br>**Enugu**<br>**ite**<br>**ịta**<br>**ofe**<br>**ọkụ** | ………………► | n' | **Aba**<br>**Enugu**<br>**ite**<br>**ịta**<br>**ofe**<br>**ọkụ** |

**IHE OMUME I:**

1. Depụtasịa omụmaatụ ndị ọzọ yiri ndị?
2. (na): Mgba a na – edejupụta 'na' edejupụta bụ mgbe ọ na- ebutere okwu jiri mgbochiume bido ụzọ dị ka:

| | |
|---|---|
| | Mgbede |
| | Bende |
| | Kaduna |
| na + | njem |
| | mmiri |
| | Legọsị |

→

| | |
|---|---|
| | Mgbede |
| | Bende |
| | Kaduna |
| na | njem |
| | mmiri |
| | Legọsị |

(b) ‘NA’ ‘N’ AHIRIOKWU:

Anyị kwuru na Mbuụzọ na – apụta ihe n’ahịrịokwu; ka anyị tinyezie mbuụzọ n’ụdị abụọ a na – ede ya n’ ahịrịokwu

| Mbuụzọ | | Ahịrịokwu |
|---|---|---|
| | Aba | Okorie bibu n’Aba |
| | Enugu | Ha na –azu ahia n’Enugu |
| n' | ụlọ | Ọ gawara n’ ụlọ |
| | Ije ozi | Ụnụ dị ike n’ije ozi |

ii.

| | | |
|---|---|---|
| | Mgbede | Ọ ga- abịa na mgbede |
| | Bende | A mụrụ ya na Bende |
| na | Kaduna | Anyị na –ede ihe na Kaduna |
| | mmiri | Adaakụ dabara na mmiri |
| | Legọsị | Ọ zụrụ akwa na Legọsị |

## IHE OMUME II:

Leba anya n’ihe omume ndị a soje, were nkeji ole na ole mara ma ị ga – emeta ha.

1. Olee ebe (n’) ma ọbụ (na ) dabara n’ ahịrịokwu ndị a:

a. Ada bụrụ abụ [ ] ụlọ ụka

b. Ndị uwe ojiijidere ya      elezighị anya

ch. Adamu ji ọsọ mabanye      moto

d. Ụgbọala ahụ ga – akwụsị      mkpa

2. Olee ahịrịokwu ndị e deziri edezi ?

a. A: Ada bi n'Nsụka

B: Ada bi na Nsụka

b. A Ha jeer ahịa n'isi ụtụtụ

B Ha jeer ahịa na isi ụtụtụ

c. A Atụghị m anya ụnụ na abalị a.

B Atụghị m anya ụnụ n'abalị a

**NCHIKOTA:**

'Na' bụ naanị mbụụzọ e nwere n' Igbo

E nwere ụzọ abụọ e si ede (na) mgbe ọ bụla ọ na – arụ ọrụ dị ka mbuụzọ n' ahịrịokwu

1. Mgbe a na – edebiri 'na' edeiri, were rikọm elu dochia 'a' dị naya bụ mgbe 'na' na – ebutere okwu ji ụdaume bido ụzọ
2. Mgbe a na – edejupụta 'na edejupụta bụ mgbe ọ na – ebutere okwu jiri mgbochiume bido uzọ.

## NNWALE :

Ruọ arụmarụ ndị a iji nwalee ihe ị mụrụ nay unit a

1. Gịnị bụ mbuụzọ (na nkenke )?
2. Kedụ n'ụdị abụọ e si ede 'na' ka mbuụzọ? Nye ọmụmaatụ
3. Depụta site n'ahịrịokwu abụọ abụọ, n'udi abuo e si ede 'na' ka mbuụzọ
4. Olee ndezi ahịrịokwu ndị a e dejọrọ edejọ?

(i) Ọ na – agbalị na ụlọakwukwọ

(ii) Ọ gburu azụ n'mmiri.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA**:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo*. Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# YUNIT 2: ‘NA DỊ KA ISINGWAA NA NNYEMAKANGWAA

## MMALITE:

Na yunit 1, anyi mụrụ ọrụ ‘na dị ka mbuụzọ. Anyị hụrụ na ‘na’ bụ naani mbuụzọ e nwere n’ Igbo, hụkwa na a na – ede ya n’ ụdị abụọ - n’ , / na.

Ugbu a, anyị ga – elebakwa anya n’ ọrụ ọzọ ‘na’ na – arụ dị ka Isingwaa nakwa nnyemakangwaa. Ngwaa bụ nkejiasụsụ na – egosị ihe mere n’ ahịrịokwu.

Ngwaa ọ bụla nwere isi mpụta; nke a ka a na – akpọ (isingwaa), ia: - ta, pu , ga, le hu. Na ri. Okwu ndị ọzọ nwere ike isi na ha pụta ia: ta + ra = tara ; pụ + ọ = pụọ, hụ + rụ = huru, ga + wa = gawa dgz. ‘Na’ bu otu n’ime isingwaa enwere n’ Igbo .

N’ aka nke ọzọ ahịrịokwu ndị busọ omekangwaa anaghị ezucha oke na nghota ha.

Ọmụmaatụ : Ada ________aga ahịa.

Ha _________ eri ihe

Ụnụ________ ata anụ

Ahịrịokwu ndị a chọrọ nnyemaka. Otu n’ ime okwu eji emebe nnyemaka ngwaa bụ (na-). Ugbu a, hụzie n’ụdị ahịrịokwu ndị a ga –adị ma e tinyere ha nnyemakangwaa bụ (na-)

Ọmụmaatụ : Ada na – aga ahịa

Ha na – eri ihe

Ụnụ na – ata anụ

### MBUNUUCHE:

Na njedebe ihe ọmụmụ a, Ị ga – enwe ike :

a. Tulee uru ọzọ ‘na’ bara dị ka Isingwaa nakwa nnyemakangwaa
b. Chọpụta (na) di ka Isingwaa ma ọ bụ nnyemakangwaa n’ ahịrịokwu
ch. Dezie ahịrịokwu e dejọsịrị ‘na’ dị ka isingwaa nakwa nnyemakangwaa.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

a. Gụzie okwu mbido na ihe ndị a rutụgasịrị aka n’ime ya:
b. Tụgharịzịe uche na mbunuche, mata ihe a na – atụ anya n’aka gị imezu na njedebe ihe ọmụmụ yunit a.
ch. Ọ bụrụ na I nwere ọkọwaokwu Igbo, were ya chọpụta okwu ndị gbagwojuru gị anya

d. Nomie ọmụmaatụ e nyegasiri n'ihe omụmụ a ma nye ndị yiri ha.

e. Chetakwa mee ihe omume na nnwale e wepụtaara gi.

f. Were ọzịza gị tulekọọ na ndị dị na njedebe yunit a.

**NKỌWA OKWU**:

Isingwaa: Omekangwaa: nnyemakangwaa

a. Isingwaa: Ebe ngwaa si pulite

ia: (ka)- katụ , kaa

(je)- Jere, jebe

b. Omekangwaa: otu ụdị ngwaa na – achọ nnyemaka . Eji 'a' na'e' ebido ha

ia: (eje) , (anụ) (aga), (eri)

Ahịrịokwu ha nọ, anaghị ezu oke, ma e wezụga maha bụ nnyemakangaa.

Ia: Ụnụ………. anụ mmiri _____ Ụnụ na anụ mmiri

Anyị ……… aga nkụ _______Anyị na – aga nkụ

ch. Nnyemakangwaa: Okwu na – enyere ngwaa ndị ọzọ aka ka nghọta ha pụta ihe.

Ọmụmaatụ: ga-, na – ka

## IHE ỌMỤMỤ:

(a) 'NA' DỊ KA ISINGWAA:
'Na' na- arụ ọzọ nke bụ ịnọ dị ka ịsingwaa. Site nay a ka okwu ndị ọzọ si epute, ma e tinyere ya mgbakwunye

Ia:

| 'Na' Isingwaa | Mgbakwunye | Okwu ọhụụ |
|---|---|---|
| na + | ra<br>pụta<br>ta<br>gide | nara<br>napụta<br>nata<br>Nagịde |

## IHE OMUME I:

Olee ọmụmaatụ ise ọzọ yiri ndị a?

(‘b) ‘Na dị ka nnyemakangwaa

‘Na’ na –arụ ọrụ dị ka nnyemakangwaa. N’ ụdị a, ‘na’ na – ebu akarauhie: (na-), omekangwaa na – esote ya n’azụ.

| Nnyemakangwaa | Omekangwaa | Ahịrịokwu |
|---|---|---|
| ‘na’ | achụ<br>egwu<br>ere<br>abịa | Ha na – achụ nta.<br>Ụnụ na – egwu mmiri<br>Adamu na – ere ahia<br>Dike na – abịa ugbu a |

**IHE OMUME II :**

1. Gịnị ka akarauhie ‘na’ na –ebu na – egosipụta?
2. Depụta ahịrịokwu anọ na – egosi ‘na’ di ka nnyemakangwaa

(ch) ‘Na’ dị ka nnyekangwaa na – enweghị akarauhie:

Mgbe ụfọdụ ‘na’ anaghị ebu akarauhie dị ka nnyemakangwaa

Lee anya n’ ahịrịokwu ndị a:

Ana m (abịa) ugbu a.

M naghị (ata ) anụ

Ụnu anaghị (echu ) mmiri

Ana ha (eri ) nri.

N’ahirịokwu ndị a ‘na’ bu nganiihu ‘a’ ma ọ bụ nsonaazụ (ghi) , e nweekwa omekangwaa chọrọ nnyemaka ,n’s ụdị a, ‘na’ anaghị ebu akarauhie ọtụmasi na ọ bụkwa nnyemakangwaa.

**IHE OMUME III:**

Gupụta ahịrịokwu dị na tebul ndị a n’ otụtụ ụzọ. Were nkeji ole na ole mee nke a.

i.

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| | | Napụrụ | | ego | |
| | Ohi | | Ha | | |
| ndị | | natara | | | |
| | | | | Ụgbọala | |
| | Ọmekome | naara | Ya | | Ya |
| | | | | akpa | |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| Anyị | | eje | | | |
| | | eche | | | |
| Ụnụ | na- | esi | mmiri | | |
| | | anụ | | | |
| Ekemma | | Awụfu | | | |

**NCHỊKỌTA:**

a. ‘Na’ na- arụ ọrụ ka Isingwa. Ia: nara, napụ

b. ‘Na’ na-arụkwa ọrụ dị ka nyemakangwaa. N’ ụdị a, ‘na’ na – ebu akarauhie, omekangwaa na –esote ya. Ia:- na-aga, na – agụ, a-echu. Dgz.

ch. Mgbe ụfọdụ, ‘na’ dị ka nnyemakangwaa anaghị ebu akarauhie.

**Ọmụmaatụ:** anaghị / m / echu. Ana / m / aga,

ha / eri / ha

m / naghị / echu

## NNWALE:

Zaa ajụjụ ndị a iji nwalee ihe ị mụrụ nay unit a;-

1. Nye ọmụmaatụ gosịpụtara ụdị abụọ ‘na’ na- arụ ọrụ n’ ahịrịokwu.
2. kedụ ihe ‘na’ bụ n’ ahịrịokwu nd ị a?
   i. Dike (na-achokari) okwu.

   ii. Biko ! (napu) m ego a.

iii. Ada (na-abia) (na) be anyi kwa mgbe.

3. Dezie ahịrịokwu ndị a?
   i. Ndị nkuzi napịakarị ihe.

   ii. Ha na-pụrụ ya ego ya n' ike.

   iii. Ọ n' aga ọrụ.

   iv Anyi na-ghi ahu ya mgbe dum.

Depụta uru abụọ 'na' bara site n'ihe a kuzịrị gị

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA**:

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 3: ‘NA DỊ KA NJIKỌ

## MMALITE:

Njikọ bụ otụ n’ime nkejiasụsụ e nwere n’igbo. Ụfọdụ njikọ gunyere: ‘ka, maka, mana, kama, tupu, na’na’. Njikọ bara oke uru n’asụsụ ịbgo n’ihi na ọ na – enye aka ijikọ okwu na ibe ya, ahịrịokwu na ibe ya, nkebiokwu na ibe ya, na ịchịkọlata uche ọnụ. ‘Na’ bụ otụ n’ime njikọ e nwere n’igbo. Anyi ga- elebazi anya ugbu a etu ‘na’ bụ otu n’ime njikọ e nwere n’igbo. Anyị ga-elebazi anya a ugbu a etu ‘na’ si arụ ọrụ dị ka njikọ n’ahịrịokwu.

**MBUNUUCHE:**

Na njedebe ihe ọmụmụ a, a na –atụ anya na ị ga –enwe ike:

a. tulee ọrụ ‘na’ ka njikọ

b. chọpụta ‘na’ ahịrịokwu dị ka njikọ

ch. Dezie ahịrịok wu ụfọdụ e dejọrọ edejọ bụ ‘na’ ka njikọ

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:**

a. Lezie anya n’okwu mmalite.

b. Jidesie ike ihe bụ mbunche n’ihe ọmụmụ a.

ch. Gbasozie ntụziaka e nyere n’ihe ọmụmụ a.

d. Mee ihe omume nakwa nnwale e nyere gi.

**OKWU NKỌWA:**

Njikọ chịkọlata.

Njiko: Ijikọ ihe na ibe ya, dị ka ji na ede, ewu na ọkụkọ.

Chikọlata: wekọta ma ọ bụ bụkọlata okwu gị ọnụ.

Ia: chikolata okwu gi onu

## IHE ỌMỤMỤ:

‘Na’ di ka njikọ’

1. ‘Na’ dị ka njikọ na –ejikọ:-

   (a) okwu na okwu

   Ọmụmaatu: dị (na) nwunye

   Ewu (na) ọkụkọ

   Ji (na) ede

   Ofe (na)n ụtara

   (b) Nkebiokwu na ibe ya’

**Ọmụmaatụ:**

| | | |
|---|---|---|
| Ndị ukwu | na | ndị nta |
| Agwa ọma | na | agwa ọjọọ |
| Ụmụ akwụkwa na | na | ndị ozizi ha |

(ch) Ahịrịokwu na ibe ya:

**Ọmụmaatụ:** O chere na m ga –ada ule a.

Anyị nụrụ na ọ bịara.

Echere m na ị ma ihe.

## IHE OMUME I:

Olee ọmụmaaatụ abụọ I nwee iji gosi 'na' dị ka njiko okwu na okwu, na ahịrịokwu na Ibe ya?

2. Njịrịmara (na) b dị ka njikọ:

Huba ebe a ama:

Nwere njịrịmara ndị a:-

a. O nwere ike ịnọ n'isiahịrị ma ọ bụ n'ime ahịrịokwu.

Ọmụmaatụ:

i. Na m na –arịa ọrịa anaghị ewute ya.

ii. O chere na m bụ Dike

b. A na –edeju 'na' edeju mgbe ọ bụ njikọ

c. Ọ na –ebu ụdaala mgbe ọ bụ njikọ

## NCHỊKỌTA:

'Na' bụ otụ n' ime mkpụrụokwu ndị na –arụ ọrụ ka njikụ n' asụsụ igbọ Ọ bụkwa otụ n'ime nkejiasụsụ e nwere n' ibgo.

Na'' nwere ịke ijikọta ọkwụ na okwụ: Nkebiokwu na ibe ya: tinyere ahịrịokwunakwa ibe ya.

Njirimara 'na' dị ka njikọ di atọ. Ha gunyere

1. O nwere ike ịnọ n' ịsị ahịrị ma ọ bụ n' ime ahịrịokwu.

2. A na –edeju ‘na’ edeju mgbe ọ bụ njikọ.

3. Ọ na –ebu ụdaala mgbe ọ bụ njikọ

## NNWALE:

Leruo anya ala ruo arụmarụ ndị a. Chetakwa na azịza I mere nke ọma na -egosipụta na ị na –agbalị n’ọmụmụ a.

1. Gịnị bụ ọrụ abụọ ‘na’ na- arụ n’ahịrịokwu ndị a?

2. Kanye ihe n’okwu ndị bụ njikọ n’ahịrịokwu ndị a:

   a. O chere na m ga – abịa

   b. Achọghị m ị hụzi gị na Dike

   ch. Ọrịgooro n’elu mgbidi anyị na ha

   d. Ọ dighị onye ma na o zuru ohi na Bende

3. Dezie ahịrịokwu ndị a:

   i. O tiri mkpu n’akurụ ya ihe

   ii. Ọ zụrụ ewu n’ aturụ n’ ahịa

   iii. Ndị ukwu ka ndị nta ka a chọrọ

   iv. N’ọmụtaghị nwa na – ewute di ya.

4. Horọ ma tinye njikọ dabara adaba na ndị a:

   a. Ada ______ nne ya alaala (na, n’, na- ).

   b. Ndị ukwu _______ ndị nta ga – abịacha . (ka, n’ na).

**AZịZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA**:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# YUNIT 4: 'GA' DI KA ISINGWAA NA NNYEMAKANGWAA

## MMALITE:

Na yunit nke abụọ anyi hụrụ"na" dị ka isingwaa nakwa nnyemaka ngwaa. Okwu ọzọ na – akpa agwa ka 'na' bu (Ga). Ọ bụọrụ 'ga' ka isingwaa nakwa nnyemakangwaa ka anyi ga – elebarazi anya.

I chetara ka anyi si mee ọmụmụ 'na' usoroahu ga – enyere anyi aka n' omụmụ yunit a.

## MBUNUUCHE:

Na njedebe ihe omụmụ a, a na – atụ anya na ị ga – enwe ike: Chọpụta orụ 'ga' dị ka isingwaa nakwa nnyemakangwaa n' ahịrịokwu.

a. Malite idezi 'ga' dị ka isingwaa ma ọ bụ nnyemakangwaa n' ahịrịokwu n' ụzọ zuru oke.

ch. Tụlee ebe 'ga' dabara adaba n' ahịrịokwu

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

a. Leba ma tugharịa uche na mbunuche yunit a.

b. Lebazie anya n' okwu ndị e wepụtara, ma nwaa ịghọta na itinye ha n' asụsụ gị.

Ch. Jisie ike mee ihe omume nakwa nnwale en yere gị

d. tụlekọọ mgbali gi site náziza e wepụtara na njedebe yunit a:

## NKỌWA OKWU:

mgbalị : tensi ndịniihu

(mgbalị ): Ịgba mbọ, ndọlị , ịrusị ọrụ ike

(tensi ndịniihu): ngwaana – egosị ihe ka geje ime eme

Ia: Ụnụ ga –aga ọrụ echi

Anyị ga – ebido ule echi

### IHE ỌMỤMỤ:

(a) " Ga' dị ka isingwaa'

Mgbe ‘ga’ na – aru orụ ka isingwaa, ọ na –ebu mgbakwunye nke na – enyere ya aka n’ imepụta okwu ohuu.

**ỌMỤMAATỤ:**

| Isingwaa | Mgbakwunye | Okwu ọhụụ |
|---|---|---|
| | ra | gara |
| | fee | gafee |
| ga+ | je | gaje |
| | wa | gawa |
| | ruo | garuo |

Lee isingwa ndị a n’ahịrịokwu:

ii.

| | | |
|---|---|---|
| Ada | gara | Aba |
| Biko | gafee | ebe ozọ |
| Ụnụ | gaje | uka |
| Ada | gawara | Ụnụahịa |
| Ọ chọghị ka ha | garuo | Owere taa |

**IHE OMUME 1:**

(a) Olee okwu ndị ozo ‘ga’ bụ isingwaa ha?

(b) ‘Ga dị ka nnyemakangwaa’

E ji (ga-) emebe nnyemakangwaa . N’ ụdị a, ‘ga’ na-ebu akarauhie,

Omekangwaa esote ya.

**ỌMỤMAATỤ:**

iii.

| | | |
|---|---|---|
| ga | abịa | Ọ ga –abịa n’ ụtutụ |
| | eje | Ha ga – eje nkụ |
| | alọta | Ada ga – alota echi |
| | echu | Ume ga – echu mmiri |

Mgbe ‘ga’ – nọ ka nnyemakangwaa, o na – ezipụta tensi ndịniihu, ya bu ihe ka gaje ime eme. Gụgharịa ahiriokwu ndị a e weputara na tebul iii

Ch. ‘Ga di ka nnyemakangwaa na – enweghi akarauhie.

Di ka o dị na ‘na ‘ ‘ga’ nwere ike na – ebughị akarauhie ọtụmasị na ọ bụ nnyemakangwaa. Mgbe ‘ga’ bị nganiihu ma ọ bu nsonazụ a na – edekọ ya na mgbakwunye ahụ ọnụ a naghị etinye akarauhie,, omekangwaa ga na – esote ya. N’udi a, (ga) bụ nnyemakangwaa.

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| ọmụmaatụ: | Aga. / m | / | abịa echi | |
| | Agaghị / ha/ | | | |
| | Ụnụ / | / abịa | / | |
| | Anyi /agaghị / | | / | echi |
| | Ha / | / | eje | / |
| | m / | / | aga | / |
| | ọ/ gaghị | / | abịa | / echi |
| | I / | / | eje | / |

| | | |
|---|---|---|
| **Uchechi** | **gaje** | **ụlọ uka** |

**IHE OMUME II:**

| | | | |
|---|---|---|---|
| **Isingwaa** | **Ada** | **, , , ,** | **nkụ** |
| | **Ụnụ** | **…….** | **Ubi unyaahu** |
| **‘Ga”** | **Onye isi** | **, , , ,** | **ụzọ** |
| | | | |
| | **Mere** | **ga- esi** | **nri anyasị** |
| **Nnyemaka** | **Adamu** | **. . . . . .** | **Suya** |
| | **Ụnụ** | **. . . . . .** | **nkuụ n’ ubi** |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | **Anyi** | **agaghịechu mmiri** | |
| **Nnyemaka –** | **M** | **. . . . . .** | **aba mba** |
| **ngwaa na-** | | | |

Ga na njedebe hụta oziza e nyere maka ihe omume a, were ya tulee nke gị ma ị muchaa ihe dị na ya unit a.

## NCHỊỌTA:

Ka anyi chịota ihe anyị mụrụ nay unit a

a. 'G' na – arụ ọrụ ka isingwaa

b. 'Ga' na-arụkwa ọrụ ka nnyemakangwaa ia:-

Ga - anwale

ga – elewezi (anya)

ga – eweta

ch. Mgbe 'ga' bụ nnyemakangwaa ọ na – ebu akarauhie, omekangwaa na – esote ya n'azụ . N'ebe ụfọdụ nnyemakangwaa 'ga' ana ghị ebu akarauhie ia.

ana (m) abịa

anaghị agụ

gaghị eje

d. Mgbe 'ga' nọ ka isingwaa, o na – ebu mgbakwunye

e. 'Ga' dị ka nnyemakangwaa, na – exipụta tensi ndịniihu

## NNWALE:

1. Olee n'ụdị a bụọ 'ga' na – anọ n; ahịrịokwu, site n' ihe ị mụrụ?
2. Depụta ọrụ 'ga' na – arụ n'ahịrịokwu ndị a:
   i. Ọ gara nkụ ____________
   ii. Ụnụ ga – echu mmiri.______________
   iii. Ndị egwu ga – eje Bini ______________
   iv. Onye ọrụ aghụghọ agaghị eri ụgwọ____________
3. Dezie ahịrịokwu ndị a e dejọrọ edejọ
   i. Ụnụ gara Umuhu n' ụtụtụ echi
   ii. Ụnụ ga –aga Bende na mgbede ụnyaahụ
   iii. Adaakụ g' ada ule n'ihi amaghị ihe
   iv. Ụmụakwụkwọ glara ma ha mechie.

4. Degharịa ahiriọkwu ndị a na nju ha, iji gosị nnyemakangwaa enweghị akarauhie .
    i. Ọ ga – aga njem? ____________
    ii. Mga –eri ihe ? __________________

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 5: ‘GA’ NA ‘NA’ NA–ARỤ ỌRỤ DỊ KA NNYEMAKANGWAA NA ISINGWAA.

## MMALITE:

Site na yunit nke mbụ ruo na nke anọ anyị na – atụlerisị ọrụ ‘ga’ na’ ‘na’ n’ ahịrịokwu. Ọ na-adị mma ileghari anya n’ihe ọmụmụ kwa mgbe kwa mgbe ka o kwe wee anya.

Ugbu a , anyị gaje ịtulekọ ‘ga’ na’na’ n’ ọrụ ha dị ka nnyemakangwaa nakwa isingwaa**.**

## MBUNUUCHE:

Na njedebe ihe ọịmụmụ a, iga – enwe ike:

a. deputa ahịr, ịokwu ano na-egosị ‘ga’ na’ na’ dị Ka nnyemakangwaa na isingwaa
b. dezie ahịrịokwu e dejọrọ edejọ metụtara ihe ọmụmụ a.
ch. chọpụta ọrụ ‘ga’ na’na’ n’ ahịrịokwu

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

a. Tughariạ n’okwu mmalite:
b. Lezie anya na mbunuuche a tụrụ anya n’aka gị imezụ
ch. were ọkọwaokwu chọpụta okwu ọhụụ ndị e wepụtara

d. Meekwa ihe omume na nnwale e nyere gi

## NKỌWA OKWU:

Myiri: ebe ihe yiri ibe ya:

Gụnwoo: gụgharizie ugboro ugboro :

## IHE ỌMỤMỤ:

‘Ga’ na Na’ na – arụkọ ọrụ ka nnyemakangwaa na isingwaa

(a) ‘Ga’ na ‘Na’ dị dị ka nnyemakangwaa. Site n’ihe anyị lebagoro anya cheta na’ga’ na ina’ bụchaa nnyemakangwaa, n’ ụdị a, - ebu akarauhie.

**Ọmụmaatụ:** (ga) , (na)

(ga) Ha ga = aga ahịa: Dike ga –asa ahụ

(na) Ụnụ na –eri ihe : Ada na esi nrị .

## IHE OMUME I:

Olee ọmụmaatụ gị yiri ndị a?

(b) ‘Ga’ na ‘Na’ dị ka isingwaa: Dị ka anyi rụturụla aka, ‘ga’ na’na’ -arụkọ ọrụ ka isingwaa.

**Ọmụmaatụ**

(ga) : ga + ra = gara : Ha gara nkụ

Ga + a = gaa: Gaa leta ya

(na): na + ra = nara: Ọ chọrọ ka ọ (nara) ego m

Na + pu = napụ: Biko, napụ m akwụkwọ a.

## IHE OMUME II:

Gosipụta ọmụmaatụ ọzu dị ka ndị a:

## NCHỊKỌKA:

a. ‘Ga’ na ‘Na’ na – arụkọ orụ ka nnyemkangwaa n’ahịrịokwu

**Ọmụmụaatụ:** Ụnụ na – anabata mmadụ

Anyị ga – acho ịhụ ya

b. ‘Ga’ na ‘Na’ bụkwa isingwaa

**Ọmụmaatụ:** Anyị gara ahịa

Ụnụ nara ya aka

## NNWALE:

Arụmarụ ndị a, iji nwalee etu isiri mee ‘n’ ọmụmụ yunit a.

1. Depụta ahịriokwu abụọ abụọ na – ezipụta ‘ga’ na ‘na’ dị ka nnyemakangwaa .
2. Depụta ahịrịokwu abuọ abuọ ebe ‘ga’ na’na’ bo isingwaa
3. Dezie ahịrịokwu ndị a:

i. ụnu ga – je ahịa

ii. Ada ga’a aga nkụ

iii. Ha n’anabata mmadụ

iv. Dike ga –ra Aba

4. Gịni ka ‘ga’ na’na’ na – aru n’ ahiriokwu ndị a?

i. Ụnụ na – eje ozi ___________________

ii. Anyi gafere na nke ha ______________

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo*. Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo*. Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 6: “GA” NA “ NA” NA – ARỤ ỌRỤ DỊ KA, MFINITIIVU NA MGBAKWUNYE

## MMALITE:

Na moduul 6, yunit 5, anyị mụrụ maka mfinitiivu, nnyemakangwaa na jerọndụ. Na moduul 6, yunit 9, anyi mụkwara ihe banyere mgbakwunye na nkenuụdị ya . Ọzọ kwa, na moduul 7, yunit 5, anyi hukwara etu “Ga” na “Na” si aru ọru dị ka nnyemaakangwaa na isingwaa. Mana nay unit nke a, anyị ga-ahụkwa etu ‘ga’ na ‘na’ si arụ orụ dị ka mfinitiivu na mgbakwunye .

## MBUNUCHE:

Na ngwucha ihe ọmụmụ a, ịga:

1. amata etu “ga” si arụ ọrụ dị ka mfinitiivu
2. amata etu “ga” si aru orụ dị ka mgbakwunye
3. enwe ike ịmata etu ‘na’ sị arụ ọrụ dị ka mfinitiivu
4. enwe ike ịmata etu “na” sị arụ orụ dị ka mgbakwunye

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

1. Were nwayoọ gụọọ yunit a ma were uche laghachi azu nay unit ndị a kpọtụrụ aha.
2. Gụọ yunit a n’usoro
3. Gbalịa mee ihe omume niile dị naya
4. Were okowaokwu gị chọpụta mputara okwu ọ bụla di ọhụrụ
5. Elekwala azịza ihe omume ọ bụla tupu ị zaa ya.

## NKỌWA OKWU.

Depụta mkpụruokwu ọhụrụ niile ị hurụ n’ihe ọmụmụ a, ma dee n’ akụkụ ha mpụtara nke ọ bụla, E meena ndị a:

- Mgbakwunye - Ụmụ mkpụruokwu a na –agbakwunyere ngwaa o nwewazie nghọta. E kere ha ụzọ ato site n’ọnọdụ ha na ngwaa

- Nganihu - Ụmụ mkpụrụokwu a na – agbakwunye n’ihu isi ngwaa
- Nsonaazu - Ụmụ mkpụrụokwu a na – agbakwunye isingwaan’azu ya.
- Nnọntiti - ogwe ngwaa a gbakwunyere nganihu na nsonaazụ

------------------------------------------------------------------------------------------

------------------------------------------------------------------------------------------

------------------------------------------------------------------------------------------

------------------------------------------------------------------------------------------

## IHE ỌMỤMỤ.

## ‘GA’ NA-ARỤ ỌRỤ DỊ KA MFINITIIVU.

Anyị ga –echeta na a na –enweta isingwaa mfinitiivu site n’igbakwunye nganiihu.

“I” ma ọ bụ ‘Ọ’ n’isingwaa

N’ahịrịokwu ndị a, “ga” na -arụ orụ dị ka mfinitiịvu

1. Ọ chọro iga ahịa
2. Anyi chọrọ iga nzuko
3. Ha na -akwado Ịga ọrụ
4. Olee ebe ụnụ chọrọ iga ?
5. Iga ihe n’oge bụ ihe bụ ihe kwesirị ekwesị.

## “GA’ NA – ARỤ ỌRỤ DỊ KA MGBAKWUNYE:

Anyị ga – echeta na mgbakwunye nwere ike ibụ nganiihu , nnọneetiti ma obụ nsonaazụ “Ga” na –arụ ọrụ dị ka mgbakwunye nganiihu na mgbakwunye nsonaazụ Lee anya n’ahirịookwu ndị a:

1. Nwoke ahụ gafere ebe a (mgbakwunye nganiihu ).
2. Enyi m, gafeta ebe a. (mgbakwunye nganiihu)
3. Obi na pita gbaga egwu n’exi. (Mgbakwunye Nsonaazụ)
4. Anyi mega gịnị ebe a? (Mgbakwunye Nsonaazụ)
5. Biko gbalịa garuo n’ụlọ ha (Mgbakwunye Nganiihu)
6. Ha riga nri anyasị (Mgbakwunye Nsonaazụ)
7. Ọkụkị a fega n’elu (Mgbakwunye Nsonaazụ)
8. Mgbe “ga” ma –arụ arụ ọru dị ka mgbakwunye, ana -edekọta ya na ngwaa ọ na –eso ọnu Ya bụ a naghị edega ha edega

## IHE OMUME 1:

1. Olee mkpụruedemede ndị e nwere ike iji mebe mginitiivu?
2. Mee otu ahịrịokwu iji gosi ọru “ga” na –arụ dịka mfinitiivu
3. Mee otu ahirịokwu iji gosi ọrụ “ga” na – arụ dị ka mgbakwunye

## “NA” NA –ARỤ ỌRỤ DỊ KA MFINITIIVU:

Anyị ahụla otu “ga” si arụ orụ dị ka mfinitiivu na mgbakwunye.
Ugbu a anyi ga – ahụ otu “na” si arụkwa orụ dị ka mfinitiivu na mgbakwunye Lee ọmumaatụ a : (a; dị ka mfinitiivu).

1. Ha na –achọ ịnara ya ugbọala ya
2. Inata nkịta ọkpụkpu tara akpụ
3. Ụmu Chineke chọro ịnata amara ya
4. Inye enye nwere ugwu karịa ịna ana
5. Anyị chọrọ ịna ya ego.

Dị ka anyị hụrụ n'etu "GA" si arụ ọru di ka mfinitiiịvụ, ọ bụkwa mkpurụ - edemede "I" na "I" ka a na - eji emebe mfiniivu mgbe "nA" na –aru otụ dị ka mfinitiivu; mana ọtụtụ mgbe ọ na – abụ karị "I"

## "NA" NA –ARỤ FỊ KA MGBAKWUNYE

E wepụ "GA" "NA" bụkwa mkpụrụụokwu ozọ nwere ike ịrụ ọrụ dị ka mgbakwunye n'sụsụ Igbo. Lee ahịrịokwu ndị a:

1. Biko nabata nwoke ahụ
2. Nwata ahụ abịana
3. Erina anụ ahụ
4. A napụ ọgaranya mma ya, mma ya arụọ
5. A nana ya ego ọbụla
6. Onye napuru ya egbe ahu ?
7. Ejena ebe ahụ

Mgbe "NA" na –arụ ọrụ dị ka mgbakwunye, a na – edekọta ya na ngwaa ọ na – eso ọnụ. Ya bụ a gaghị edega ha edega

## IHE OMUME II

1. Mee ahịrịokwu abụọ iji gosi otu "NA" si arụ ọrụ dị ka mfinitiivu
2. Mee ahịrịokwu abụọ iji gosi otu "NA" si arụ orụ dị ka mgbakwunye

## NCHỊKỌTA :

Na yunit a, anyị mụrụ na :

- mkpụrụedemede ndị eji enweta mfinitiịve bu "I" na "I"
- "GA" na "NA" nwere ike ịbụ nganiilu ma ọ bụ nsonaazụ
- Mgbe "GA" na "Na" na – arụ ọrụ ọrụ dị ka mfinitiive , ana –edekota ha na mkpụrụedemede "I" ma ọ bu "I" ha na –eso ọnụ.

-Mgbe "GA" na "NA " rụga oru dị ka mgbakwunye, a na –edekọta ha na isingwaa ha soga ọnụ.

## NNWALE:

1. Mee ahịrịokwu abụọ iji gosi oru "GA" na-arụ dị ka mfinitiivu
2. Mee ahịrịokwu abuọ iji gosi "GA" na –arụ ọrụ dị ka mgbakwunye
3. Mee ahịrịokwu abuo iji gosi ọrụ 'NA' na –aruu dị ka mfinitiivu
4. Jiri ahiriọkwu abụọ abụọ gosi orụ 'NA' na –aru dị ka mgbakwunye
5. Olee etu e si ede "GA" na " mgbe ha na –arụ ọru ọru dị ka mgbakwunye?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# YUNIT 7: NCHỊKỌTA

## MMALITE:

Na moduul 7, isi ihe omụmụ e wepụtara bụ ọrụ 'Na' 'ka'. Dị ka', na 'kwa' 'n' ahịrịokwu Ị hụla ihe akụziri site nay unit nke mbụruo na nke itolu metụtara isi ihe e wepụtara na modụụl a.

Anyi ga-eleba anya a ma chikọta ihe niile a nay unit nke iri.

## MBUNUUCHE:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a. ị ga – enwe ike:

(a) chịkọta ihe ị mụrụ gbasara 'Ga', na 'Na' dị ka: mbụụzọ njikọ na nnyemakangwaa na isingwaa
(b) Weputa omumaatu ufodu na – egosi 'myiri', 'kwa' na 'ka' di ka ahịrịnchọ na nkwusa
(ch) Depụtazie ụfọdụ ahịrịokwu e dejọrọ edejọ metụtara 'ka' dị ka mgbakwunye na nsokwunye.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

1. Gụọ ihe ọmụmụ yunit a n'usoro n'usoro
2. Gbalịa were uche laghachi azụ n'isi ihe ọmụmụ yunit ndị ọzọ a mụrụla
3. Mee ihe omume niile e nyere
4. Elekwala azịza ihe omume ọ bụla tup ị zaa ya.

## NKỌWA OKWU:

Myiri: ihe e nwere ike iji atunyere ihe ọzọ

Nkwuwa: Mkpụrụokwu na – ekwuwa maka ngwaa na nkwuwa n'onwe ya.

Mgbakwunye: Mkpụrụasusụ ma ọ bụ nkebiokwu a na –gbakwunyere ngwaa ka o nwekwuo nghọta.

## IHE ỌMỤMỤ I:

Nchịkọta ihe a murụ nay unit 1 ruo 10 metụtara ọrụ 'na' ga' ka'' kwa', dị ka isingwaa, mbụụzụọ, nnyemakangwaa, mfinitiivu na mgbakwunye .

Ọrụ 'na' dị ka mbụụzọ

Cheta na 'na' bụ naanị otu mbuụzọ e nwere n' Igbo. A na –ede ya n'ụdị abụọ-

(Na): Ha bi na kaduna

Ụnụ dabara na mmiri

(N") : Ha bi ri Enugu

Ada no nubi

Mgbe a na – edeju 'na' edeju bụ ma o sote okwu ji mgbochiume bido dị ka :

Na Bende

Na Kano

A na –edebiri 'Na' dị ka (n') mgbe ọ na – esote okwu ji ụdaume bido

(ia) Nelu ụlọ

Nala Obosi

# IHE OMUME I :

Olee omụmaatụ ndị ozọ I chetara ?

## IHE ỌMỤMỤ II:

## ỌRỤ 'NA' 'GA' DỊ KA ISINGWAA NA NNYEMAKANGWAA

Cheta na anyị hụrụ nay unit 2 na 3, na'Ga' na'na na –arụ dị ka isingwaa na kwa nnyemaakangwaa. Chetakwa ihe ndị a:

1. 'Ga' n' ka' na –ebu mgbakwunye' nganiihu na nsokwunye

a. (Ga)- ga + ra = gara
 Ga + je = gaje

Dị ka enyemakangwaa:

'Ga' na 'na' na –ebu akara uhie

(a) (ga-) - ga - abia, Unu ga – abia lawa
 Ga – eti - Ada ga – eti m ihe .

## 'Ga' NA 'NA' na di ka MFINITIIVU NA MGBAKWUNYE

Anyi huru na 'Na' na 'Ga' na – arụ ọrụ dị ka mfinitiivu. Mfinitivu 'na' na' ga' na – enwe mgba kwunye (i) n'isingwaa

(ia) (i=ga): Ha chọrọ iga ahịa

Anyị na – akwado ịga ụlọ.

# IHE OMUME II:

Olee okwu ise ọzo dị n'ụdị a ?

## IHE ỌMỤMỤ III:

## "Dị ka " n' IZIRI KA NKWUWA NA MYIRI.

Anyị rụtụrụ aka na yunit 8 ụsoro e si e zipụta 'dị' ka 'ka nkwuwa na kwa myiri Chetakwara onwe gị ihe ndị a:

Na myiri ihe e ji atunyere okwu n'asụsụ

1. Nwoke a dị ka onye ara
2. Nwaanyị ahụ dị ka Ngozi
3. Ihe ahụ dị ka agwọ

## IHE OMUME III:

Depụta ahịrịokwu abuọ na – egosị 'dị' ka myiri.

## IHE ỌMỤMỤ IV:

## "DỊKA " N'ISUPỤTA NKWUWA

N' ebe a, a na –edekọta 'dị' na ''ka' ọnụ ha abụrụ otu mkpụrụokwu

(ia) Ọ dịka ọcha

(b) Nwoke a adika mkpụmkpụ

IHE OMUME IV:

I chetara omụmaatụ ndị ọzọ yiri ndị a?

Depụta abuọ n'ime ha.

## IHE ỌMỤMỤ V:

"KA " DỊ KA Ahịrịnchọ Na Mgbakwunye

Ọ dị mkpa ịrụtụgharị aka n'ebe a na 'ka' na –egosi ahịrịnchọ nke bụ mbunuche ihe mmadụ chorọ ka o mee

(1a) Ka anyị bọọnụ chi.

b). ka ọ dịrị ụnụ mma

11. 'LA " DỊ ka MGBAKWUNYE

Cheta na ‘ka’ dị ka mgbakwunye na – egosị otu ihe si maka mma , dịka njo ma ọ bụ peka mpe .

(a)

| ISINGWAA | MGBAKWUNYE | OKWU | AHỊRỊOKWU |
|---|---|---|---|
| ma + | ka | Maka | Ọ ma ka mma |
| pe + | ka | peka | Ọ peka mpe |
| DI + | ka | DỊka | Ọ dịka ukwuu. |

## IHE OMUME V:

i) Gosị ọmụmaatụ abụọ ọzọ yiri ndị a

ii) Olee ọrụ ‘kwa’ na –arụ n’ ebe a?

(a) Ọ dikwa ndị anyị bụrụ

(b) Ji ndị a kwa bụ nke m

## IHE ỌMỤMỤ VI:

(f) “KWA” NA- ARỤ ỌRỤ KA NSOKWUNYE.

Chetakwara onwe gị iihe ndị a:

1. A na – ede ‘kwa’ iche mgbe ọ na - eso okwu ndị na – abughị ngwaa

(a) Onye kwa na- akpọ m?

(b) Ọ bụ gị kwa ka a kpọrọ

2. A na – edekọ ya na ngwaa ọnụ mgbe ọ n –esote ngwaa

(a) Bịakwaka ka anyị gaa

(b) Gaahukwa ihe ọ rụrụ n’ubi.

### MGBAKWUNYE ‘KWA’ NA ‘KA’ N’ ISINGWAA

Dị ka ị hụrụla ihe isingwaa bụ cheta na a na – ejikwa ‘kwa’ na ‘ka’ a gbakwunyere isingwaa iji kwasie okwu ike

(kwa) Mgbakwunye isingwaa

| ISINGWAA | MGBAKWUNYE | OKWU | AHIRIOKWU |
|---|---|---|---|
| bi + | kwa | bikwa | Ha bikwa n’ Aba |
| hu + | kwa | hụkwa | Ọ chọrọ ka ọ hukway a. |
| so+ | kwa | sokwa | Ọ sokwa ha jee ọrụ. |

| “ka” | | | |
|---|---|---|---|
| **chọ +** | **ka** | **chọka** | **Ọ chọka m  okwu** |
| **de +** | **ka** | **deka** | **O deka akwụkwọ** |
| **ri  +** | **ka** | **ika** | **O rika ihe** |
| **me +** | **ka** | **meka** | **I meka nke ọma** |

## IHE  OMUME  VI:

Jisie ike  wepụta ọmụmaatụ abụọ  abụọ yiri ndị a.

## NCHỊKỌTA:

Ihe ọ bụla nwere  mbido nwere  njedebe. Anyị  abịala  na njedebe ihe ọmụmụ dị na mọdụụl 7 a. Ma ọ ga – adị  mkpa  ka anyị  chịkọta ihe niile a mụrụ   na  nke nke iji chetakwara onwe gị ihe ndị a.

**LEE ANYA  NA NCHỊKỌTA A:**

(A) ‘na’ na ‘ga’ na-arụ  orụ dị ka isingwaa na kwa  nnyemaakwangwaa:

(ia)  (Ga + ra) (gara) = Ha gara ahịa

(Isingwaa) (na + ra)  (nara ) = Ọ bịara ka o nara ego ya .

(NNYEMAKANGWAA) (ga – ara = (ga – ara)

Ụnụ ga – ara ụdara

(na – achọ) = na – achọ) = Ụnu na – achọ m okwu

‘Ga’ na ‘Na’  na – ebu mgbakwunve n’isi  - ngwaa ha. Ha na –ebu  akarauhie dị ka nnyemaakwangwaa

‘NA’NA – ARỤWA  ỌRỌ KA NJIKỌ

Ọ na – ejikọ okwu, nkebiokwu, ahịrịokwu na ibe ha

- ji na ede
- ndị ukwu na ndị nta
- I ma na ọ nọ ya

‘Ga’  NA’ NA’ na – ARỤKỌỌRỤ  Dị KA’MFINITIIVU na kwa ‘MGBAKWUNYE

Dị ka mfinitiivu,  ha na ebu  nganiihu (!)

-ị + ga = ịga = Ọ chọro ịga nkụ

- ị + ga = ụnụ chọrọ ịga ahịa?

- MFINITIIVU ( ị + na ) = ịna =Ọ chọrọ ịna ya ihe

-ị + na + ba + ta = inabata = ịnabata obịakwesịrị ekwesi

ị + na + ra = ịnara = Ọ biara ịnara ya utu

'Ga' 'Na' na 'ka' Dị ka mgbakwunye:

Chatakwa omumaatu ndị a:

I + ga+ fere = Mwple ajụ gafere ene a

= gba + ga = gbaga Obi na Ada gbaga egwu

=Na + ra = nara : Ọ nara akara n'ụ'ọ

= a+ ka = aka: Ha aka abia .

'KA' DỊ KA AHỊRỊNCHỌ:

Ghọtakwa nke ọma na ahịrịnchọ na -ezipụta ihe onye chọro ka o mere ya ma ọ bụ mbunuche mmadụ

Ejikwa 'ka' emebe ya.

=Ka Chi m gọzie gi

= ka ọ dịrị unu mma

**DỊ KA N' IZIPỤTA NKWUWA NA MYIRI:**

Ka anyị chetaghariạ na 'dị ka' na –ezipụta nkwuwa na myiri

(a) (Nkwuwa) : Ada adịka njọ

(Myiri): Ada dị ka nna ya

Mgbe " ka" na –egosi nkwuwa, ana -edekọ ya na isingwaa, mgbe ọ na -egosi myiri, a na – edesa ya edesa

'KWA' NA – ARỤ ỌRỤ MGBAKWUNYE NA NSOKWUNYE N' ụdị a:

(Mgbakwunye): Ọ dịkwa mma ịbịa taa

(Nsokwunye): Gịnị kwa ka ị chọrọ?

'KWA " NA 'KA' DỊ KA MGBAKWUNYE

N" ISINGWAA na – adị an'udị a:

(kwa) =Ọ biara nyekwa m ego

(ka) = O peka mpe

## NNWALE.

Lemo anya ala mee ihe ndị a na – arutụ aka n’ihe niile ị mụrụ na moduụl 7, yunit 1-10. Chetakwa na azịza ọma I nyere na – egosị na ị na – agbalị n’ ọmumụ igbo gị. Gaa n’ihu ruwazie .

1. Depụta ahịrịokwu otu otu na –egosị ‘GA’ na NA’ dị ka Isingwaa nakwa nnyemakangwaa

2. Olee ahịrịokwu abụọ abuọ dị mma bụ “kwa’ dị ka mgbakwunye na nsokwunye

3. Gịnị ka (dị ka’) na-aru n’ahịrịokwo ndị a?

   (a) Dike adịka mpempe ( )

   (b) Ụmụ dị ka nna ye ( )

   (ch.) ka chi booọra ụnụ ( )

   (d) Ọ chọrọ ịnapụ m ego m ( )

   (e) Ọ gakwa abịa echi ( )

Olee nke e deziri na ndị a ?

(a) Ada n’enyere nne ya aka
(b) Ụnụ bị n’ Nsuka
(ch) Ọ zụrụ ji (na- ) atụru

(d) Gịnị ọzọkwa ka ị chọre?

## AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.

## AZỊZA NNWALE:

1. i. Ha nara ya ego ya

2. ii. Ọ gara nkụ n’ubi

   iii. Ha na – Abịa kwa mgbe kwa mgbe

   iv. ga- ekwu ma a chọo

2. i. Ha gakwa achọta ya

   ii. Bịa bụkwa ihe o mere mgbakwunye

   iii. Onye kwa mere ihe a?

   iv. Gịnị kwa ka ị na – achọ? Nsokwunye

3. (a) Dike adịka mpempe (Nkwuwa)

(b) Ụma dị ka nna ya (myirri)

(ch). ka chị bọọrọ ụnụ (ahịrịnchọ)

d. Ọchọrọ ịnapụ in ego an (isingwaa)

e. Ọ gakwa abịa echi? (mgbakwunye)

4. Ada ha – enyere nne ya aka

(a) Ụnụ bi na Nsuka

(ch.) Ọ zụrụ ji na atụru

(d) Gịnị ọzọ kwa ka ị chọrọ ?

## EDENSIBỊA:

Leeruo anya na moduul 7 site na yunit 1-10 I ga :- ahu akwụkwọ ndị a rụtụrụ aka n’ebe ahụ

# MODUUL 8: EDEMEDE

## YUNIT 1 : IHE EDEMEDE PỤTARA NA NKENỤỤDỊ EDEMEDE

### MMALITE:

Tupu a sị na onye ọ bụla bụ onye maara agụ ma marakwa ede n'asusụ ọ bụla onye dị otu a ga – amarịrị ka e si edemede n'asusụ ahụ Ọ bụ site n' edemede ka e si amata ma onye ahụ o nwere ike ikọwa onwe ya n'asụsụ ahụ ma ọ bụ na ọ nweghị ike ya.

Ọ bụ ya mere na ule niile a na –ele n'asụsụ Igbo na enweriri edemede na ha ọ Kachasị site n' ogo koleji lawa elu.

N'ụzọ nkwọwa edemede bụ ihe ọ bụla e chepụtara ma dee ya ka onye ọ bụla ọ masịrị gụọ. Nkọwa a na – egosi na edemede ga - aburịrị ihe mmadụ chepụtara n' onwe ya gbasara isiokwu ọ bụla . Nke ozọ kwa bụ na edemede chọrọ echiche miri emi gbasara isiowu ahụ.

Anyi na – aga n'ihu 'n'ọmụmụ Yunit a, anyị ga – eji wayọọ leba anya nke ọma n'edemede na ihe ya na ya so.

### MBUNUUCHE.

Mgbe a kụzi chaara ihe a ị ga - enwe ike :

a. ịkọwa ihe edemede pụtara

b. ịkpọpụtasị nkenụụdị edemede e nwere

ch. ịkọwapụta uru edemede bara .

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Gbaa mbọ guọ ihe niile dị na Yunit a nke ọma n'ihe na ọ bụ ntọala gbasara edemede niile e nwere n' Igbo bụ ndị a ga – eleba anya na mọdụụl 8 a.

O nwere ihe omume na nnwale dị iche iche dị na ha jisie ike hụ na I mere ha etu a chọrọ n'ihi na ọ ga –enyere gị aka n'ọdịnihu ide edemede kwụ chịm.

## NKỌWA OKWU:

Dị ka ị na –aga n'ihu n'ọmụmụ nke yunit a, ị ga – achọpụta na o nwere mkpụrụọkwu ndị tara akpụ na nghọta bụkwa ndi nwere ike ị bụrụ gị ọdachị n'ihe ọmụmụ a. Ọ bụrụ na ị hụta ha, biko detuo ha ebe a ma mee ka onye nkuzi gị nyere gị aka kọwaa ha .

a. -----------------------------------
b. -----------------------------------
ch. -----------------------------------

d. -----------------------------------

e. -----------------------------------

## IHE ỌMỤMỤ:

Edemede bụ echiche mmadụ chepụtara gbasara isiokwu ọ bụla bịa detuo echiche ahụ n' akwụkwọ ka onye ọ masịrị gụọ. N'ule Igbo, dị ka ọ dịkwa n' asụsụ ndị ozọ edemede bụ isi dokpụ nti n'asụsụ ọzọ niile . Edemede na – enwe maakị n'ule karị ajụjụ ndị ọzọ niile .

## IHE ỌMỤMỤ I:

a. Gịnị mere edemede jiri kara ngalaba asụsụ ndị ọzọ niile mkpa?

b. Gịnị ka ị ghọtara edemede bụ?

## IHE ỌMỤMỤ:

Any ga –eleba anya n'ụdị deemede dị iche iche e nwegasịri . Ma tupu anyị emee nke a, buru ụzọ chọpụtasịa akwụkwọ ajụjụ ule SSCE nke afọ ndị gara aga. Nke a ga – enyere gị aka ịchọpụtasị nkenụụdị edemede dị iche iche e ewegasiri.

E, nwere udị edemede di iche iche bụ ndị gunyere:

a. Edemede nkọwasị dị ka ọrụ ubi n'ala m. E nwekwara ike ịkpọ nke a edemede ngosipụta.

b. Edemede akọmakọ dị ka 'Ụbọchi mbụ m na koleji

ch. Edemede nchemina dị ka ' Awọ anagị agba ọsọ ehihie n'efu.

d. "Edemede mkparitauka dị ka ' Depụta mkparịtauka dị n'etiti dokita na onye ọrịa'

e. Edemede mgbagha dị ka 'ịlụ otu nwaanyị ka mma karị a ịlụ ọtụtu ụmụ nwaanyị'

f. Edemede leta dị ka 'Deere nwanne gị nọ n'ala Bekee akwụkwọ ma kọọrọ ya mgbanwe dị iche iche merela n'obodo unu kamgbe ọ pụrụ jee ala Bekee (Kọwaa nke ọ bụ la n'ụzọ dị nkenke).

# IHE OMUME II:

Nke ihe ọmumaatu ndị ọzọ na nkenuụdụ:

a. Edemede nkọwasị / Edemede ngosipụta
b. Edemede nchemina
ch. Edemede mgbagha
c. Edemede Leta .

## NCHỊKỌTA:

Anyị kọwara  na edemede bụ echiche mmadụ chere gbasara isiokwu ọ bụla biazie  detuo echiche ya ahụ ka onye ọ masịrị gụọ .

**ISIOKWU:**    Edemede nwere ike metụta  mmadu, anụmanụ, uwa na ihe niile ndị ọzọ

E nwere  nkeụụdi edemede dị iche  iche  bụ ndị gunyere:

a. Edemede  nkowaasi / ngosipụta

b. Edemede  akọmako / edemede nkọwa

ch. Edemede ilu

d. Edemede mgbagha

e. Edemede  Nchemina

f. Edemede  mkparita

g. Edemede leta.

## NNWALE:

Gịnị bu edemede?

Nye ọmụmaatụ nkenuụdị edemede ato ị  maara

Nye uru abụọ edemede bara .

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 2: EDEMEDE NKỌWASỊ: USORO NA NHAZI YA.

## MMALITE:

Na yunit 1, anyị kọwara ihe edemede pụtara na nkenụụdị ya . Na yuuint 2 ka e lebara anya n’ihe ndị dị mkapa n’ edemede . Ndị a bụ isiokwu, usoro na nhazi na asusụ purụ iche Ọ bụ itinye ihe ndị a n’ọrụ edemede dị iche iche bụzi ihe ndị a ga – elebara anya na yunit ndị fọdụrụ na mọdụụl a.

Ugbu a, anyị ga – amalite iwere ụdị edemede dị iche iche n’otu, n’ otu lebawa ha anya etu e si ede nke ọ bụla n’ime ha n’ihi na edemede ọ bụla nwere usoro na nhazi nke ya. Nke mbụ anyị ga – eleba anya na a bụ edemede nkọwasị / ngosipụta.

### MBUNUUCHE:

Mgbe a kụzichara Yunit a, I ga – enwe ike :

dee otu edemede nkọwasị

chọopụtasịa ndịnaya n’isokwu ụfodụ

### USORO ỌMỤMỤ IHE:

Nke a bụ Yunit chọro ihe omume . Ọ dịkwa mkpa na ị ga – agugharikwa Yunit 2 ọzọ ka ị mara etu ị ga- esi tinye ihe ndị a n’ọrụ

### IHE OMUME:

Dị ka aha ya siri dị, edemede nkọwasị bụ nke ahụ na – akọwasị etu ihe dị ma ọ bụ etu e si eme ihe. Site n’ udị edemede a onye gụrụ ya ga – enwe ike ịmata etu ihe ahụ dị ma ọ bụ etu e si eme ya. Ụdị edemede a chọrọ iche echiche nke ọma mgbe a na –ede ya

Edemede nkọwasi achọghị iwebata okwu ụgha n’ ụdị ọ bụla, ihe ọ chọrọ bụ ngosịpụta etu ihe dị kpomkwem. Mgbe ufọdụ ọ burụ etu e si eme ihe .

Ọ burụ na ị tụọ asi n’ edemede nkọwasi I nwere ike duhie onye ga – agụ ya ụzọ

## IHE OMUME I

Gịnị bụ edemede nkọwasị?

Iji maa atụ n’ edemede di ka “ Ọrụ ubi n’ ala m, “ a turụ anya na ị ga – eleba anya n’usoro a:

i. Ihe orụ ubi pụtara

ii. Ụdị ọru ubi di iche iche

iii. Oge e ji amalite oru ubi n’ ala m

iv. Etu e si atụ ọrụ ubi – iko ihe

v. Ihe dị iche iche a na arupụta n’ ọrụ ubi

vi. Ụrụ na ọghọm di n’ọrụ ubi

vii. Nchịkọta

**ỤFỌDỤ ỌMỤMAATỤ EDEMEDE NKỌWASỊ BỤ:**

a. ‘Ọrụ ubi n’ala m’
b. Ụrụ ọkụ bara ‘ (June 1986 Se/GCE )
ch. ‘Otu onye m na –agaghi echefu echefu’ (Nov. 1992 SSCE)

d. ‘Ụrụ ọ bara mmadụ idebe ebe obibi ya ọcha’ (June 2000 wassce)

Iga –achopụta na ụdị ọmụmaatụ ndị a niile achọghị itinye ya nnu ma ọ bụ ose ka o wee toọ ụtọ karị a . Ha chọrọ naanị gosipụta kpọmkwem etu ihe dị.

Chetakwa na edemede ọ bụla chọrọ atụmatuokwu dị iche iche dị ka akpaalaokwu ilu, ụkabụilu, myiri, mbụrụ , mmenmmadu asinilu. Di ka anyị hụrụ n’ usoro edemede, ‘Ọrụ ubi n’ala anyị a ga – ewere echiche ndị nọ na (i) ruo (vii) ka ha mebe otu nkeji otu nkeji ma ọ bụkwanu chịkọta abụọ ka ha bụrụ otu

nkeji.

Otu a ka e kwesịrị iji dee edemede nkọwasị ka o bụrụ na ị zutara ihe a turụ gị n’ ahia.

**IHE OMUME II:**

Nye ọmụmaatu anọ gosiri isiokwu edemede nkowasị

**NCHỊKỌTA:**

Anyị ewuola na edemede nkọwasi bụ ụdị edemede ndị ahu na – akọwa etu ihe si wee dị ma ọ bukwanụ etu e si eme ihe. Ụdị edemede achọghi itinye nnu na ose ka o wee tọọ ụtọ. E wepụ ndịnaya bụkwanu okpụrụkpụ okwu dị iche iche a chọrọ na ya , naanị atụ matu okwu ndị dabara adaba dikwanu mkpa ka a na – eji achọ ya mma. Anyị ga – echeta na usoro na nhazi ụdị edemede a kwesịkwara ka ọ dị na nkeji na nkeji Chetakwa iji Igbo Izugbe dee ya.

Ogo edemede ọ bụla kwesirị ka e buru ya n’ uche n’ihi na ọ ga emekuta maakị kwesịrị edemede gi.

**NNWALE:**

N’ime isiokwu ndị a kedụ ndị bụ maka edemede nkọwasi?

a. Depụta mkparitaụka di n’etiti ụmụ nwoke abụọ gbasara ohi e zuru n’ogbe ha na nso nso a ? b. ihe mere ede jiri bee nwịịị

ch. ‘Ikpa ọkụkọ.

d. ‘Ndi uwe ojii

e. ‘Otu ihe mberede ọkporo uzọ gbara anya mmiri.

f. Deere nwanne gị nọ n’ obodo ọzọ leta, kọọrọ ya mgbanwe niile e nwere n’obodo unu kamgbe ọ hapurụ obodo unu.

2. Dee edemede nkọwasi gbasara isiokwu a “ ụlọ Ezumezu Ndị Obodo M” Kedụ okpụrụkpu okwu ise di mkpa kwesịrị imejuputa edemede nke a?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 3: EDEMEDE AKỌMAKỌ: USORO NA NHAZI YA

## MMALITE:

Dị ka esi kọ waa na Yunit 3, edemede akọmakọ yiri nke nkọwasị kama ihe dị iche dị n' egbe na egbe. Ebe edemede nkọwasị na – akọ etu ihe si di ma ọ bụ etu e si eme ihe , edemede akọmakọ ga – eme ka anyị kọọ maka ihe anyị hụru ma ọ bụkwanụ ihe anyi mere.

Chetakwa na udị edemede a chọkwara usoro na nhazi. Asụsu pụrụ iche , na asụsụ nka ; bụrukwa nke e ji Igbo Izugbe chara acha wee dee.

## MBUNUUCHE:

Mgbe a kụzichara ihe na unit a, ị ga –enwe ike:

a. Kọwaa ihe bu edemede akọmakọ
b. Kwuo ebe ya na edemede nkọwasị yiri na ebe ha siri dị iche
ch. Dee otu edemede akọmakọ

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Gụọ yunit a nke ọma ma jirikwa anya doro edo mee ihe niile a chọrọ ka ị mee n' ọnọdụ ihe omume na nnwale.

## NKỌWA OKWU:

Na yunit a o nweghị mkpụrụokwu ndị tara akpụ Ma o nwee ka isi wee chọpụta nke a; biko detuo ha n'ohere a die be a ma wegara ha onye nkuzi gi maka nkọwa

a. ………………………………………..
b. ………………………………………..
ch. ……………………………………….
d. ……………………………………….
e. ……………………………………….

### IHE ỌMỤMỤ:

N'ụdi edemede a (akọmakọ) elewara anya na I ga –akọ etu I si mara isiokwu ahu Ya bụ na ụdị nke ichọrọ ka ị kọwaa etu ihe si wee mee.

Lee Ọmụmaatu Ndị a:

a. Etu ihe mberede okporouzọ gbara m anya mmiri.

b. Ụbọchi ahịa obodo m gbara ọkụ (Nov. 1992)

ch. Dee etu unu siri si n'ụlọ akwụkwọ unu gaa njem mmụta n'otu ụlọ ọrụ ebe a na-emepụta ihe (June 1985).

d. Ụbọchị m dabara na'aka ndị ntọrọ mmadụ (Nov. 1997) (Ihe ọmụmaatụ ndị a niile sicha n'akwụkwọ ajụjụ ule nke ndị WAEC maka ule SC/SCE/SSCE)

A sị mmadụ dee maka ''Otu ihe mberede okporoụzọ gbara m anya mmiri'', a na-atụ anya ịnụ ihe ụfodụ ndị dị mkpa dị ka:

a. Ụbọchi ihe ahụ mere na ihe m na-eje/na eme mgbe o mere .

b. Otu m si wee nụ ma ọ bụ hụta ihe mberede okporoụzọ ahụ.

Ch. Otu ihe ahụ si wee mee na ebe ọ nọ wee mee.

d. Ihe ndị merenụ anya mmiri jiri gbaa m.

e. Ihe e mere ndị nwere mmeru ahụ ma ọ bụkwanụ ndị nwụrụ anwụ.

N' ụdi isiokwu a, odee nwere ike ịkọ ihe n'uzọ ọ ga -ji bue isi ma metụtakwa onye na- agụ ya n'ahụ. A pụrụ ime nke a naani me e ji Igbo izugbe dị werewere n'ọgụgụ dee ya.

**IHE OMUME 1:**

Gịnị mere e ji kpọọ ụdị edemede akọmakọ?

Ihe ọzọ kwa dị mkpa bụ na ọ chọkwara Igbo chara acha wee hazie edemede ahụ na nkeji na nkeji.

Edemede akọmakọ na edemede nkọwasi yiri n'ọtụtụ ebe. Nke mbụ bụ na ha abụọ nwere ihe ha na akọ . Ụsoro na nhazi ha bụ otu ihe ahụ. Nke ọzọ bụ na ha niile chọrọ asụsụ nka na asụsụ pụrụ iche. Ndịịche ha nwere bụ na ebe edemede nkọwasị na-achọghị ihe ọzọ karịa ịkọwasị etu ihe si wee dị, edemede akọmakọ na-ekwukwanụ etu ihe siri mee ma ọ bụ gaa.

**IHE OMUME II**

E wepụ ihe ọmụmaatụ ndị a anyị nyere, depụta isiokwu abụọ ọzọ dabara adaba dị ka edemede akọmakọ.

Gịnị mere edemede akọmakọ jiri achọghị itinye akụkọ ya nnu na ose, dị ka edemede nkọwasị na-achọghị?

**NKCHỊKỌTA:**

Edemede akọmakọ bụ ụdị ahụ na-akọwa etu ihe si wee mee. Ụsoro na nhazi ya na edemede nkọwasị bụ otu ihe ahụ. Ha dum chọrọ iji atụmatụ okwu ndị dabara adaba chọọ ya mma. Ebe edemede akọmakọ na-ekwu otu ihe si wee mee, edemede nkọwasị na-ekwu otu ihe si wee dị.

Mgbe mmadụ na - ede maka ọrụ ubi n'ala m. Ọ chọghị okwu asị ọ bụla ka ị ghara iduhie onye chọrọ imụta ka e si arụ orụ ubi n'ala gị. Ma ị chọọ ịkọ otu e si mee ọgbaghara n'ụlọ akwụkwọ unu, ị nwere ike kwuo okwu asị yiri eziokwu na ya iji wee gbanarị ntaramahụhụ ma ọ bụkwanụ iji wee megide onye nke ọzọ. Ebe ọmụmaatụ nke ọrụ ubi bụ edemede nkọwasị, nke ọgbaghara bụ nke akọmakọ.

## NNWALE:

1. **Site n'ihe ọmụmaatụ, gosị ihe ị maara bụ edemede akọmakọ**
2. Kedụ otu edemede akọmakọ na edemede nkọwasị siri yie?
3. Kedụ ndịiche dị n'etiti edemede nkọwasị na edemede akọmakọ?
4. Dee edemede ga –eru ihu akwụkwọ abụọ gbassara isiokwu a ''Ụbochi mbụ m na kọleji.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 4: EDEMEDE MKPARỊTAỤKA (MKPARỊTAỤKA N'ETITI ONYE ỌRỊA NA DỌKỊTA)

**MMALITE:**

Cheta na anyị ekwuola ihe gbasara Edemede nkọwasị (yunit 3), edemede akọmakọ (yunit 4) na Edemede ilu (yunit 5) Gụnwoo yunit atọ ndị a. Ugbu a, anyị ga-ekwu ihe gbasara edemede mkparịtaụka. Nke a bụ okwu mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa na-ekwurita n'etiti onwe ha, otu onye n'otu oge. A na –edepụta ihe onye ọ bụla kwuru etu o osiri kwuo ya, naghị etinye ma ọ bụ wepụ ihe ọ bụla na ya.

**MBUNUUCHE:**

E bu n' uche na mgbe Ị gụchara yunit a na ị ga-enwe ike

(i) ịghọta ndịiche dị n'etiti edemede mkparịtaụka na nkenụụdị edemede ndị ọzọ.

(ii) Ide edemede mkparịtaụka n'onwe gị.

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:**

Buru ụzọ chọputa mmadụ abụọ na –akparịtaụka n'edemede a. Chọpụta isiokwu dị na mkparịtaụka ha. Gụọkwa mkparịtaụka ha nke oma iji ghọta ihe ha na-ekwu. Kpọọ otu enyị gị ka gị na ya gụpụta mkparịtaụka a etu e siri depụta ya ebe a. Otu n'ime unu abụọ ga-anọ dị ka Dọkita, ebe onye nke ọzọ ga-abụ onye ọrịa.

**NKỌWA OKWU:**

Dọkita bụ okwu mbite nke pụtara dibịa bekee. Nọọsụ bụkwa okwu mbite. Ọ bụ onye ọrụ ahuike a zụrụ nke ọma. Ọ na-enyere dọkịta aka. Wọdụmeedi bụ onye na-enye aka n'ịrụ obere ọrụ dị aṅaa n'ụlọ ahuike dị ka isi mmiri ọkụ, idebe ụlọọgwụ ọcha.

Isa anya mmiri, nke a bụ akpaalaokwu. Ọ pụtara mmadụ iji nwayọọ, were uche chọọ ihe. Ụtazi bụ akwụkwọ nri na-elu ilu. E ji ya esi nri iji mee ka ọnụ gbachaa mmadụ. Awayị bụ ji a na-esi n'ụdị a aga-aṅụ mmiri ọkụ ya. A na-ejikarị ụtazị esi ya ka o nwee ike gbachaa ọnụ. A na-esikarịrị ya nwaayị mụrụnwa ọhụrụ ma ọ bụ onye ọrịa ji awayị.

**IHE ỌMỤMỤ:**

Dị ka anyị kwuru na mmalite, anyị ga-ekwu ihe gbasara edemede mkparịtaụka. N'edemede a mmadụ abụọ na-akparịta uka bụ onye ọrịa na dọkịta. Lezie anya ka i hu etu mkparịtauka ha siri gaa.

DỌKỊTA: Enyi m, kedụ ka ahụ dị gị taa, i hikwere ụra nke ọma n'abalị?

ỌSỌNDỤ: Dọk, Ị bịala? Taa ka ụnyaahụ mma. Ehiri m ụra nke ọma n'abalị. O

mere ka ahụ mgbu m belata, mke mere ka m nwee ike ịrahụ ụra.

DỌKỊTA: Ekene dịrị Chineke. Kedụ kwanụ etu I si eri ihe ugbu a? I riwela ihe nke ọma?

ỌSỌNDỤ: Dọk, eriwebeghị m ihe oriri nke ọma. Ọnụ m niile ka na-elum ilu. Ọ nwebeghị ihe m nwere mmasi iri. Asị m ka m rịo gị ka i tinyerem mọltịvaịtị n'ọgwụ m taa maa ọ bụrụna ọ dịbughị na ya. Achọrọ m ihe ga-agbacha m ọnụ ma meekwa ka agụụ gụọ m.

DỌKỊTA: Ọ dị mma. Aga eme etu ị siri rịo, nke ọzọ bụ na ị ga-agwa ndị be gị ka ha siere gị ji awayị ma tinyekwa ya ụtazị nke ọma. Nke a ga-enyekwa aka igbacha gị ọnụ. Ha ga-azụtakwara gị mmiri ara ehi na lokozeedị. Ihe ndị a ga-enyekwara gị aka ịgbake ngwa ngwa.

ỌSỌNDỤ: Dọk, a bịakwa ọzọ: A na-ekwu ọrịa ezughị oke, a sịkwa nwa dara ibi tokwuo afọ. Ndị be m taa ka na'eche maka ego a ga-eji gbapụta m n'ụlọọgwụ mgbe m gbakeere, ị na-ekwu maka mmiri ara ehi na lokozeedị. Nke were m anya na ihe ha ga-emeli bụ ji awayị na ụtazị.

DỌKỊTA: Nsogbu adịghị ya. Ha mee nke ha ga-emeli, ị ga-agbake n'oge adịghị anya. Ana m ekwe gị nkwa nke a n'aha Jisọs. Ebe anyị chọpụtara nsogbu gi n'oge ma na-enyekwa gị ọgwụ na-emetụta ya, ị ga-agbake ngwa ngwa.

ỌSỌNDỤ: Ana m ekele Chineke, na-ekele gị, na-ekelekwa ndị ọrụ gị ma ndị nọọsụ gị, ma ndị wọdumeedị gị. Ha niile ji obi umeala na ihunaanya arụ ọrụ ha dị ka ndị a zụrụ nke ọma na ndị na-atụ egwu Chineke Dọk olee etu ị siri saa anya na mmiri were chọtachaa ndị ọrọ dị etu a?

DỌKỊTA: Enwere m ọ̀nụ na i chọpụtara ihe ndị a. Enweteghị m ha site n'ike aka , kama ọ bụ site n'amara Chineke. Ha na-enyere m aka nke ukwu n'ịkwalite ọrụ m. Jisie ike. Aga m ahụ gị ka m gaa hụ ndị ọrịa ndị ọzọ. Nọọsụ ga-abịa gbaa gị ndị ọzọ.

ỌSỌNDỤ: Ọ dị mma, daalụ, Chukwu gozie gị.

**IHE OMUME:**

1. Kọwaa ihe bụ edemede mkparịtaụka?
2. Dee na nke nke edemede mkparịtaụka n'etiti onye ọrịa na onye bịara ileta ya. Ị ga-ahụ azịza ajụjụ ndị a na ngwụcha yunit a.

**NCHỊKỌTA:**

Anyị kọwara edemede mkparịtaụka dị ka okwu mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa na-ekwụrịta n'etiti onwe ha n'ụdị otu onye kwuo, ibe ya asaa. N'edemede mkparịtaụka anyị jiri mere ọmụmaatụ, anyị huru etu onye ọrịa na dọkịta si abụ onye kwuo, ibe ya asaa.

**NNWALE**

Gosịpụta ihe okwu ndị a pụtara:

i. Nọọsụ

ii. Wọdụmeedị

iii. Utazị

iv. Ịsa anya na mmiri

v. Awayị.

2. Kedụ ndiiche dị n'etiti edemede mkparịtaụka na nkenụụdị edemede ndị ọzọ.

3. Dee nkenke edemede mkparịtaụka n'etiti ụmụakwụkwọ abụọ gbasara onye nkuzị ha. Ị ga-ahụ azịza ajụjụ ndị a na ngwụcha yunit a.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 5: EDEMEDE LETA: NKENỤỤDỊ EDEMEDE LETA.

## MMALITE:

Dị ka anyị maara, leta bụ akwụkwọ ozi na-esite n'aka otu onye gaara onye ọzọ. Ọ bụ otu nkenụụdị edemede kwesịrị na anyị ga-eleba anya nke ọma n'ihi na ọ dị nnukwu mkpa. E nwere nkenụụdị leta abụọ ndị a: Leta nkeonye na leta anamachọihe. Anyị ga-akọwapụta ndiiche dị n'etiti nkenụụdị leta abụọ ndị a na yunit a.

## MBUNUUCHE:

E bu n'uche na mgbe Ị gụchara yunit a na:

i. ị ga-enwe ike gosịpụta ndịiche dị n'etiti leta nkeonye na leta anamachọihe.

ii. ị ga-enwe ike kọwaa uru leta ndị a bara.

iii. ị ga-enwekwa ike gosịpụta nkebi dị iche iche a na-enwe na nkenụụdị leta ndị a.

## USORO ỌMỤMỤ:

Ị ga-ebu ụzọ ghọta na e nwere nkenụụdị edemede leta abụọ: leta nkeonye na leta anamachọihe.

Ị ga-elezikwa anya nke ọma chọpụta ndịiche dị n'etiti leta abụọ ndị a. nke ọzọ,

Ị ga-agba mbọ chọpụta nkebi dị iche iche a na-enwe na nkenụụdị leta ndị a. Ị ga-agụ yunit a, o peka mpe,ugboro abụọ iji ghọta ihe ndị a nke ọma.

## NKỌWA OKWU LETA NKEONYE:

Nke a bụ leta nkịtị, dị ka nke enyị na-edegara enyi ya; nwa na-edegara nne ma ọ bụ nna ya; nwanne na edegara nwanne ya.

## LETA ANAMACHỌIHE:

Nke a bụ leta e ji achọ ihe dị iche iche, dị ka ichọ ọrụ, mmadụ ịcho ka e wee ya n'ụlọ akwụkwọ.

## ADRESỊ:

Nke a bụ okwu mbite pụtara ebe mmadụ bị ma ọ bụ ebe ọ ga-abụ a chọọ ya, e nweta ya, dị ka ebe o bi, ebe ọ na-arụ.

## MVELOPU:

Nke a bụ okwu mbite pụtara akpa akwụkwọ a na-etinye leta n'ime ya.

**STAMPỤ:**

Nke a bụkwa okwu mbite pụtara mpempe akwụkwọ ikike a na-amapado na mvelopu were zipụ leta.

**IHE ỌMỤMỤ:**

Dị ka anyị kọwara na mmalite ihe ọmụmụ anyị nwere isi na nkenụụdị edemede leta. E nwere ụdị leta abụọ. Ha bụ leta nkeonye e na leta anamachọihe.

Leta nkeonye bụ leta nkịtị mmadụ na-edegara ibe ya gbasara ihe dị iche iche dị ka ịkọ ihe mere n'obodo, ma ọ bụ iji mata ọnọdụ ya, ma ọ bụ iji kelee yam aka ihe ọma o mere ya. Ụdị leta a na-adịkarị n'etiti enyi na enyi, nwanne na nwanne, nne na nna na ụmụ ha.

N'aka nke ọzọ leta anamachọihe bụ leta mmadụ ji achọ ihe dị iche site n'aka ndị isi ụlọ ọrụ, ụlọ ngwa ahịa, ụlọ akwụkwọ , obaego. Ọ bụkwa ụdị leta a ka e ji achọ ọrụ

A bịa na leta Nkeonye, ihe a na-ewebata bụ ndị a

1. Adresị onye na-ede leta, nke na-adi na mgbago aka nri

ii. Otutu aha onye a na-edegara leta

iii. Obi leta n'onwe ya

iv. Aha onye na-ede leta

A bịakwa na leta anamachọihe, a ga-ewebata ihe ndị a:

i Adresị onye na-ede leta na mgbago aka nri

ii. Adresị onye a na-edegara leta na mgbago aka nri

iii. Otutu aha onye a na-edegara leta.

iv. isiokwu a na-ede maka ya.

v. Obi leta n'onwe ya

vi. Aha onye dere leta.

Lezie anya nke ọma ka ị chọpụta ndịịche dị n'etiti leta nke onye na leta anamachọihe .Ị ga-ahụ leta nkeonye anaghị ebu adresị onye a na-edegara leta n'aka ekpe ka ọ na-adị na leta anamachọihe. Ọzọ kwa, a naghị edeputa isi okwu a na ede-maka ya na leta nkeonye dị ka ọ na-adị na leta anamachọihe.

Lee Ọmụmaatụ ndị a

**LETA NKEONYE**

Community Secondary School

P.O.Box 333

Obiekpe

July 17, 2000

Ezigbo nwanne m,

..........................................................................................................................................
.........................................................................................................

.........................................................................................................................

................................................................................................................................

Abụ m,

Nwanne gị Ọnwụegbuchulam

The Chairman,

State Education Commission

Ụmụenu

Nna anyị

**EDEMEDE LETA ACHỌMỌRỤ NKUZI**

.......................................................................................................................

.......................................................................................................................

.......................................................................................................................

.......................................................................................................................

A bụ m,

Gilbert Okonye

Lee anya nke ọma ka ị hụ etu e siri hazie adresị ọ bula. Ịga-edepụta adresị etu e si ede ya. Ka leta gị ghara ifu n'ụzọ. A sịla ka ị ghara tugharịa ya n'asụsụ Ịgbo n'ihi na ndị ọkammụta na-ahazi asụsụ Igbo enwebeghị nkwekọrita gbasara nke a.

Ihe ọzọ dịkwa n'adresị bụ usoro e si etinye akara edemede. Enwere usoro abụọ nke mbụ bụ na ị chọọ itinye akara edemede, ị ga-ekisi ike tinye e ya na malite na mbido ruo na njedebe. Nke abụọ bụ na ị chọrọ itinye akara edemede, ị ga-ahapụ ya tutu i dee ụbọchị were tinye akara 'kpọm. Ka o sila, usoro mbụ kara nwee nnapụta.

## IHE OMUME:

(1) Gosịpụta ndịiche di n'etiti edemede leta nkeonye na leta anamachọihe.

(2) Kedụ ọrụ leta abụọ ndị a na-aarụ n'otu n'otu? Chọọ azịza ajụjụ ndị a na agwụcha yunit a

## NCHỊKỌTA:

Anyị kọwara edemede deta dị ka akwụkwọ ozi mmadụ na-edegara onye ọzọ. Edemede leta na-arụ ọrụ dị iche iche dị ka nkenụụdị ha siri di. Leta ọ bụla nwere etu e si ahazị ya dị ka anyị gosịpụtara nay unit a.

**NNWALE:**

1. Gosịpụta etu e si ahazi leta nkeonye.

2. Depụta usoro nhazi leta Anamachịihe.

Chọọ azịza ajụjụ ndị a na ngwucha yunit a

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 6: NCHỊKỌTA

## MMALITE:

Ihe ndị a gunyere edemede na nkenuudị ya dị iche dị ka edemede nkọwasị, edemde mkparịtaụka, edemede akọmakọ, na edemede nkọwa ilu. Ha gunyere edemede leta dị iche iche dị ka leta nkeonye na leta anamchọihe.

## MNUNUUCHE:

Mgbe yunit a bịara na njedebe, ị ga-enwe ike

(i) Kọwaa ihe edemede pụtara

(ii) depụta nkenụụdị edemede anọ.

(iii) kọwaa ihe leta nkeonye na leta anamachọihe pụtara n'otu n'otu.

(iv) gosịpụta nhazi leta nkeonye na leta anamachọihe.

## USORO OMUME YUNIT A:

Ị ga-ebu ụzọ gụkwaa malite yunit a nke mbụ ruo na nke itolu. Ị ga-eme nkea tupu a banye nay unit nke iri. Ọ dị mkpa ime nke a n'ihi na ọ bụ ihe dị n'ime ya ka a chịkọtara nay unit a.

Mgbe ị na-agụ yunita, ihe ọ bula ị chọrọ ịgụ n'uju, gaa chọta ya nay unit a mụrụ maka ya. Ọ bụ naani na nkenke ka ha batara ebe a.

## IHE ỌMỤMỤ:

Ginị bụ edemede? Na yunit 1, anyị kọwara edemede dị ka ihe ọ bụla e chepụtara ma dee ya ka onye ọ bụla ọ masịrị gụọ. Nke pụtara na edemede ga-abụrịrị ihe mmadụ chepụtara gbasara isiokwu ọ bụla. Nkenụụdị edemede: Enwere nkenụụdị edemede dị iche iche. Ha gunyere ndị a.

(i) edemede nkọwasị

(ii) edemede nkọmakọ

(iii) edemede arụmarụụka

(iv) edemede mkparịtaụka

(v) edemede nkọwa ilu

(vi) edemede leta

Edemede Nkọwasị bụ nke anyị ji aka etui he dị. Lee isiokwu a: Deeihu akwụkwọ abụọ maka ụlọ akwukwọ gị. N' ebe a, atụrụ Anya na Ị ga-akọwa ihe dị iche iche gbasara ụlọ akwụkwọ gị. Edemede akọmakọ bụ nke na-akọ etu ihe siri gaa. Lee ọmụmaatụ isiokwu: ''KỌỌ etu mmemme iri ji ọhụụ siri gaa n'obodo gị n'afo a''.

Edemede arụmarụụka bụ nke a nọ nay a ekwunyere ma ọ bụ ra-ekwugide isiokwu e wepụtara. Lee isiokwu a: ‘’Ndị Nna na-elekọta ụmụaka karịa ndị nne’’. N’edemede mkparịtaụka, mmadụ abụọ ma ọbụ karị na-akparịtaụka n’ụdị otu onye kwuo, onye ọzọ asaa. Lee isiokwu a;

‘’Dee mkparịtaụka dị n’etiti ụmụ akwụkwọ abụọ gbasara ule ha lere’’. N’edemede nkọwa ilu, ihe a chọrọ bụ ka e site n’edemede kọwaa ilu e nyere dị ka isiokwu. Lee ọmụmaatụ.

## ISIOKWU:

‘’Ukpana Okpoko Buuru, Ntị Chiri ya’’. Ihe dị mkpa n’edemede:

Ihe ndị a dị nnukwu mkpa n’edemede ọ bụ la:

i. **ISIOKWU:**

Nke a bụ ọkpụrụkpụ ihe e bụ n’uche idem aka ya. Edemede ọ bụla nwere ihe ọ na-agbakwasị ụkwụ nay a. Nke a ka a kpọrọ isiokwu.

**Lee isiokwu ndị a:**

‘Ọrụ m chọrọ ịrụ n’ọdịnihu’

‘Ihe mberede okporoụzọ m hụrụla’

‘Awọ anaghị agba ọsọ ehihie n’efu’

‘Ụmụ nwoke na-ama akwụkwọ karị a ụmụ nwaanyị’.

ii. **USORO NA NHAZI:**

Nke a bụkwa ihe ọzọ dị mkpa n’edemede iji hụ na edemede ọ bụla gara nke ọma, E nwere usoro e si ahazi ya. Na nhazi edemede ọ bụla, e nwere nkeji atọ ndị a.

a. Mmalite

b. Obi edemede

ch. Mmechi

a. **MMALITE:**

Ọ bụ na mmalite ka a na-ede ihe ole na ole iji kọwaa ihe e bụ n’uche ide. Mmalite kwesịrị ịdị nkenke, ma dịkwa n’ụzọ nwere ike ikpalite mmụọ onye ọ bụla ga-agụ edemede ahụ.

**ỌMỤMAATỤ**:

Ọ bụrụ na isiokwu gị bụ, ‘Ụlọ Akwụkwọ m,’ ọ bụ na mmalite ka Ị ga-ekwu aha ụlọakwụkwọ gị na ebe ọ dị. Ọ bụkwa na mmalite ka Ị ga-ewebata ọkpụrụkpụ ihe ole na ole Ị chọrọ irụtụ aka gbasara ụlọakwụkwọ gị.

b. **OBI EDEMEDE:**

A tụrụ anya na anyị ga-ewepụta ihe ndị a n'usoro a:

i. Ihe na-ebute mpụ ụlọ akwụkwọ
ii. Ọghọm na-eso mpụ ụlọ akwụkwọ
iii. Ụzọ dị iche iche e si ebuso ya agha
iv. Ndụmọdụ a ga-enye ndị na-akwado ule

ch. **MMECHI**

Na mmechi ka a na-eji ahịrịokwu ole na ole chịkọta ihe e dere. Ọ bụkwa ebe a ka echiche ode na-apụta ihe gbasara ihe o dere maka ya. Mmechi ekwesịghị ịdị ogologo.

## IHE OMUME I:

1. Kọwaa ihe bụ edemede

2. Depụta ụdị edemede ise Ị mara

3. Kọwaa nkebi atọ dị oke mkpa n'usoro nhazi edemede

Ị ga-ahụ azịza ndị a na ngwụcha yunit a.

**EDEMEDE LETA:**

Nkenụụdị ya dị iche iche dị ka anyị kọwara na mbụ, leta sokwa na nkenụụdị edemede. Ka o sila dị usoro nhazi ya dị iche na nke edemede ndị ọzọ. E nwere nkenụụdị leta abụọ ndị a:

a. Leta nkeonye

b. Leta anamachọihe

ch. Leta nkeonye: Nke a bụ leta nkịtị mmadụ na-edegara ibe ya.

Leta Nkeonye e nwere usoro nhazi ndị a:

i. Adresị ode

ii. ọtụtụ aha onye a na-edegara leta

iii. Obi leta

iv. Nkọwa ode na aha ya.

i. Adresị odee:

Adresị ode na-adị n'elu aka nri. Ọ na-egosi ebe ode si edeta leta ya. Ọ bụkwa ya ka ọ ga-eji natal eta a na-edetara ya. O nwere usoro e si ahazi ya. Lee ọmụmaatụ:

Nneamaka Secondary School,

P.O. Box 78,

Okigwe.

4th June, 2000.

ii. ọtụtụ aha onye a na-edagara leta:

Odee na-etu onye a na-edegara leta aha n'ụdị na –amasị ya. E nwere ike iwere nke a dị ka ekele mmalite. Lee ọmụmaatụ ndị a:

Ezigbo nwanne m,

Ezigbo nna m,

Ezigbo enyi m,

Emeka dg.

iii. **Obi Leta:**

Ọ bụ n'ebe a ka odee na-ede ihe niile ọ chọrọ ide na leta ya. Ọ ga-edepụta ihe ndị a na nkeji na nkeji, nkeji ọ bụla ga-enwe ọkpụrụkpụ ihe ọ na-ekwu.

Nkọwa odee na aha ya:

Ebe a ka odee ga-akọwa onwe ya ma dekwaa aha ya. Ọ bụ nke a ka e ji emechi leta. Lee ọmụmaatụ:

Abụ m,

Ezigbo enyi gị,

Ihuọma.

Abụ m.

Nwa gị Ị hụrụ n'anya

Ada.

**Ọmụmaatụ Leta nkeonye:**

Degara nwanne gị bi n'Enugu leta na i ga-abịa nọnyere ya n'oge ezumike na-abịa.

Community Secondary School,

P.M.B. 1022

Okigwe

21st July, 2000.

Ezigbo nwanne m,

Eji m n'aka na ahụ gbasịrị gị na ezi na ụlọ gị niile ike. Ekele dịrị Chineke. Ahụ gbasikwara mu onwe m ike. Agụmakwụkwọ anyị na-agakwa nke ọma. Agara m ụlọ izu ụka abụọ gara aga. Nne na nna anyị na ụmụnne anyị nọkwa nke ọma.

Achọrọ m ka m were ohere a bunye gị ụkpa ekele maka ego Ị ziteere m maka ụgwọ akwụkwọ m, tinyekwara nke Ị zitere m iji goro ihe ndị dị mkpa. Ekpere m bụ ka Chineke kwụghachi gị mmaji kwuru mmaji n'aka niile Ị na-enyere m.

Anyị amalitela ule akwụkwọ ngwụcha tam nke abụọ. Anyị ga-emechi maka ezumike n'izu ụka abụọ na-abịa. Achọrọ m ka m were ohere a gwa gị na m chọrọ ibị a nọọ ezumike a na be gị n'Enugu. O teela m na-anu maka Enugu, ma agabeghị m ebe ahụ. Agụụ ịbịa mata obodo ahụ na-agusi m ike. Biko, ọ bụrụ na Ị kwado ọbibịa m, Ọ ga-amasi m nke ukwu.

Kedụ maka onye be gị na ụmụaka? Keleere m ha nke ọma. Ka Chineke nọnyere unu niile.

Abụ m,

Ezigbo nwanne gị,

Julie.

## IHE OMUME II:

1. Depụta nkenụụdị leta abụọ Ị maara.
2. Kọwaa ihe anọ dị mkpa n'usoro nhazi leta nkeonye.
3. Degara nwanne gị bi n'Aba leta ka o zitere gị ego ụgwọ akwụkwọ maka tam nke atọ a na-achọ immalite.

   Ị ga-ahụ azịza ajụjụ ndị a na ngwụcha yunit a.

**LETA ANAMACHỌIHE:**

Leta anamachọihe bụ nke a na-ede ichọ ihe dị iche iche dị ka ọrụ, ịbanye n'ụlọ akwụkwọ dzg. Usoro nhazi ya dịtụ iche na leta nkeonye. A bịa na leta anamachọihe e nwere usoro nhazi ndị a:

a. Adresị odee

b. Adresị onye a na-edegara leta

ch. Otụtụ aha onye a na-edegara leta

d. Isiokwu a na-ede maka ya.

e. Obi leta

f. Nkọwa onye na-ede leta na aha ya.

N'ebe a, Ị ga-ahụ na anyị webatara ihe ọhụrụ abụọ. Ha bụ ndị a Adresị onye a na-edegara leta na isiokwu a na-ede maka ya. Ihe ọzọ dịkwa mkpa ka anyị mata bụ ọtụtụ aha onye a na-edegara leta anamachọihe bụ nke ọkwa ya n'ụlọ ọrụ. Ugbu a, lee ọmụmaatụ leta anamachọihe.

Girls’ Secondary School,

P.M.B. 222,

Afikpo,

25th July, 2000.

The Managing Director,

Chike Iron Works,

P.O. Box 175,

Owerri.

Nna anyị Ukwu,

**LETA ARỊRỌ MAKA ACHỌMỌRỤ.**

Agụtara m n’akwụkwọ ‘True News’ nke ubọchị iri n’ọnwa Juun afọ 2000, na ụlọ ọrụ gị chọrọ ode akwụkwọ. Ọ bụ mmasi m ideta leta achọmọrụ a maka ya bụ ọrụ.

Adị m afọ iri abụọ ma jidekwa nzere S.S.C.E. nke m tinyere mpempe akwụkwọ na-egosịpụta ya na leta.

Ana m ekwe nkwa na’m ga-arụ ọrụ m nke ọma ma e nye m ohere a.

Abụ m,

Ụzọma Nwachukwu.

## NCHỊKỌTA:

Na yunit a, anyị chịkọtara ihe niile anyị mụrụ maka ha na mọdụụl 8. Anyị lewere anya na nkenụụdị edemede dị iche iche na usoro nhazi ha. Edemede ndị a gunyere edemede nkọwasị, edemede akọmakọ, edemede arụmarụka, edemede mkparịtaụka, edemede nkọwa ilu na edemede leta. Anyị gosịpụtakwara usoro nhazi nkenụụdị edemede ndị a:

**NNWALE**

1. Depụta usoro nhazi leta anamachọihe
2. Degara onye isi ụlọ ọrụ State Education Commission Steeti gị leta maka ịchọ ọrụ nkuzi.
3. Depụta usoro nhazi edemede isiokwu ya bụ etu i siri nọọ ezumike gara aga.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# MODUUL 9:

# OMENAALA, EWUMEWU NA NKWENYE

## YUNIT 1: NKỌWA IHE OMENAALA PỤTARA MYIRI NA NJIRIMARA YA.

### MMALITE:

Eji m aka na ị huru ebe a na-eme mmemme ijikọta nwoke na nwaanyị ọnụ ụdị ibiwe n'otu ịlụ dị na nwunye, ma ọ bụ ichi echichi dị iche iche dị ka ọzọ.Mgbe a na-alụ nwaanyi I ma ọ bụ ichi echichi ndi ahụ, e nwegasịrị usoro dị iche iche a na-agbaso, na ihe dị iche iche a na-eme di ka obodo ọ bula siri hazie ma nabata ya n' obodo ha. Ọ bụ ihe ndị dị otu a ka a na-akpọ omenaala.

### MBUNUUCHE:

N'isi njedebe ihe ọmụmụ a,

(a) A na-atụ anya na Ị ga-enwe ike:

(i) kọwaa ihe omenaala pụtara
(ii) nye myiri abụọ dị n' omenaala igbo
(iii) gụpụta njirimara omenaala igbo abụọ

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT

Gbaa mbọ gụọ ihe nịile n' ederede a. Mee ihe niile a gwara gị mee n' ihe omume,ma zaa ajuju niile a juru gị na nnwale. Nke a ga-enyere gị aka nke ukwuu n' ịmata ihe dị na yunit a.

### NKỌWA OKWU:

Depụta okwu ndị siri ike ị chọpụtara. Gakwuru onye nkuzi gị ka o nyere gị aka.

### IHE ỌMỤMỤ:

### NKOWA OMENAALA:

Gịnị bụ Omenaala?

Dị ka anyị kwuru na mmalite, omenaala pụtara usoro obibi ndụ ndị mmadụ bikọta ọnụ n' otu oge. Nke a na- emetụta okpukperechi ha, ejiji ha, nri ha, alụmalụ na ihe dị na ndụ ha.

## MYIRI HA:

Myiri dịgasị n’ omenala igbo na-apụta ihe n’ ụzọ dị iche iche. N’iji maa atụ, a bịa n’ ihe dị ka usoro okpukperechi ndị igbo, ha niile kwenyere na arụsi bụ ihe mmadụ nkịtị nwere ike isite n’ aka ya wee gwa chukwu abịama okwu, ma ọ bụ rịọ ya mkpa ya.Ọzọ kwa, a bịa n’ alụmalụ, tupu mmadụ alụọ nwaanyị n’ ala. Igbo, ihe mbụ a na eme mgbe a chọtara nwaanyị a ga-ilụ bụ ịba ọhị ajụjụ. Ya bụ nwoke ịga jụwa ase maka nwaanyị ahụ ọ chọrọ ilụ na n’ akụkụ nke ya kwa ị ga jụwa ase maka nwoke ahu chọrọ ịlụ ya.

A bịakwa na nkwenye ndị igbo,Igbo nile kwenyere n’ ihe dị ka ọgbanje, ịlo ụwa na ihe ndị ọzọ.

## IHE OMUME:

(i) Depụta omenala Igbo atọ ị maara
(ii) Gịnị bụ nkwenye ndị Igbo gbasara arụsi?

## NKENUUDI OMENALA IGBO

A bia n’ omenala Igbo ọ dị ụzọ abụọ. Ha bụ ndị a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya. Ndị a na-ahu anya bu ndị dị ka ilu nwaanyị, ichi echichi, iti mmanwụ na ndị ọzọ. Ndị a naghi ahu anya bụ ndi di ka ikele ekele; nwata ikwanyere okenye ugwu na inye ya nsọpụrụ ruru ya.

## IHE OMUME II

1. Depụta njirimara omenaala Igbo abụọ ị maara.
2. Depụta nkenụụdi. Omenaala Igbo abụọ ị maara

## NCHIKOTA:

N’ ime yunit a anyị mụrụ maka omenaala Igbo di ka o si metụta

Nkọwa ya

Nkeụụdị ya

Myịrị dị iche iche dị na ya

Njirimara ya dị iche iche

## NNWALE:

i. Jiri otu ahịrịrịokwu kọwaa ihe omenala pụtara.
ii. Nye ọmụmaatụ abụọ dabara adaba
iii. Lee ma o nwere omenaala agbụrụ ndị ọzọ na naijiria ị ga-atule ya na nke ndị Igbo dị ka nke agburụ Yoruba
iv. Ziputa ndịiche abụọ dị n’ etiti ha.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 2: NKỌWA EWUMEWU, MYIRI NA NJIRIMARA YA.

## MMALITE:

Na yunit 1 anyi muru marka omenala, nijrimara na nkenuụụdi ya. Taa n' ime yunit nke abụọ a, anyị ga-amụ maka ewumewu, myiri na njirimara ya. Mata na ewumewu si n' omenala. Pụta.

## MBUNUUCHE:

A na-atu anya na mgbe ihe ọmụmụ a aga-abịa n' isi njedebe, I ga-enwe ịke;

i. kọwa ihe bụ ewumewu.

ii. Gụpụta ewumewu Igbo ato

iii. Zipụta njirimara ewumewu Igbo ato.

## USORO OMUMU YUNIT:

Leruo anya ala mgbe ị ga na-agụ yunit a. Gbaa mbọ hụ na ị ghọtara ya nke oma

ka I nwee ike ime ihe ọ bụla a sị gị mee mee zamkwaa ajụjụ ọ bula sịrị gị zaa.

## NKOWA OKWU:

Ịchọpụta okwu siri ike, deputa ya ebe a, ma gakwuru onye nkụzi gị maka Nkọwa ya.

## IHE ỌMỤMỤ:

## MPỤTARA EWUMEWỤ.

Gịnị ka ewmewu pụutara?

Ewumewu pụtara mmemme obodo wuwere ka mgbe ochie. Ha nwere usoro

Dị iche a na-agbaso n' imejupụta ha na iwu di iche na-echekwa ha.

Ewumewu Igbo dị n' iche site n' obodo rue n' obodo dị ka ndị si eme. Ufọdụ

N' ime ewuwu ndị Igbo bụ ndị a:

i. Ezinaụlọ

ii. Ọchịchị

iii. Ụmụnna

iv. Azụmahịa

v. Ụmụọkpụ

**YUNIT 2:**

## IHE OMUME I

i. Kọwaa ihe ewumewu pụtara

ii. Gwa ewumewu igbo abụọ ị maara.

## MYIRI N'EWUMEWU NDỊ IGBO

Dị ka anyị kwuru na mbụ, ewumewu ndị Igbo dị n 'iche n' iche dị ka ndị si eme. Mana n' agbanyehị nke ahụ, ọ nwere ndi zuru Igbo niile ọnụ. Ufodu n' ime ndị ahụ bụ.

i. Ọchịchị

ii. Ụmụnna

iii. Azụmahịa

Ihe ndị dị ka iru mgbede ezughị Igbo niile onu ndi Enugu Ezike anaghi eru mgbede.

## NJIRIMARA EWUMEWU NDỊ IGBO

i. Ọ na-esi n' omenaala apụta .

ii. Ọ na- eziputa usoro mmkọrita ndị Igbo

iii. Ọ na--ezipụta ka ndi Igbo si egosipụta nwanne: ya bụ ka ha si egosipụta mmetụta site n' ọbara

## IHE OMUME II

i. Jiri ọmụmaatụ abụọ dabara adaba zipụta ewumewu ndị Igbo ebe e nwere myiri

ii. Gụpụta njirimara ewumewu ndị Igbo abụọ ị maara.

## NCHIKOTA II:

Ihe anyị mụrụ na yunit a bụ:

Ihe ewumewu pụtara; ụfodu n' ime ewumewu ndị

Igbo; myiri digasi n' ime ewumewu ndi Igbo; njirimara ewumewu ndi Igbo.

## NNWALE:

i. Jịrị otu ọmụmaatụ kọwaa ihe ewumewu pụtara

ii. Gụpụta ewumewu abụọ dị n' obodo gị.

iii. kwupụta ewumewu atọ ị maara zuru Igbo, Awụsa na Yoruba ọnụ

v. otu ewumewu ị maara ma kọpụta omenaala e ji emejupụta ya.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT3: NKỌWA, NKENỤỤDỊ OMENALA ỊWA ỌJỊ NA URU ỌJỊ BARA

## MMALITE

Na yunit a ihe anyị ga-eleba anya bụ nkọwa, nkenụụdi omenaala, ịwa ọjị na uru dị iche iche ọjị bara n'ala Igbo. Ndị Igbo na-enye ọjị ọnọdụ dị elu. Anyị ga-achọpụta nka n'ihe ọmụmụ a

## MBUNUUCHE

N'isi ngwụcha ihe ọmụmụ a, a na-atụ anya na ị ga-enwe ike

i. Kọwaa ihe ọjị bụ
ii. Gosịputa usoro abụọ e si awa ọjị
iii. Depụta uru atọ ọjị bara n'ala Igbo

## USORO OMỤMỤ YUNIT:

Gụọ ihe niile e dere na yunit a nke ọma ka I nwee ike ịghota ya. Gbaa mbọ zaa ajụjụ niile a jụrụ gi n' ihe omume na nnwale. Nke a ga-enyekwara gị aka n' ighọta ihe anyị na-ekwu n'ebe a.

## NKỌWA OKWU

Chọpụtagasịa okwu ndị ị ghọtaghị, deputa ha ma gakwuru onye nkuzi gị n' ebe unu na-enwe ihe omụmụ.

## IHE ỌMỤMỤ

## NKỌWA ỌJỊ

Ojị bu mkupụrụ osisi Ọji mitara. Ọ na-elu ilu ma na-atọkowa ụto. A na-ewepụta ya ma ọ buru na e nwee ọbịa mmadụ. Ọ bu ya bụ ihe mbụ mmadụ na-echere ọbịa.

Nke a bụ ma e nyechaa ọbịa ahụ oche o wee nọdụ ala.

Dị ka ọ dị taa n' ala Igbo, n' oke ihe mgbannwe batarala n' omenaala n' omenaala Igbo, ndị Igbo na-ejizi otụtụ ihe dị iche di iche eme ojị ma o bụrụ na mkpụrụ ọjị adighi n' ụlọ ma ọ bụ a ọ dịghị nso, e nwere ike iji ndị ọzọ di ka mkpụrụ anara, achịcha bekee, mmanya, dgz, mee ojị. N ụdị a, ihe ahụ e chere na- anọchitezi anya mkpụrụ ọjị.

Ha na-arụchitekwa ọrụ mkpụrụ ọjị ahụ gaara arụ.

## MMALITE OJI N’ ALA IGBO

Dị ka akụkọ si kọọ, gbasara ọjị malitere n’ oge gboo, mgbe mmadụ enweghi ike ịko. O nweghị onye nwere ike ikwu mgbe ọjị malitere n’ ala Igbo. O nweghiịkwanụ onye maara ebe (obodo) mbụ a wara ọjị a wara nke e ji mara onye mbụ wara ọjị n’ala Igbno

Dị ka e si kọọ, ọjị malitere mgbe nna nna anyị bu maazi Igbo gara n’ ebe Chukwu Abịama. Mgbe Chukwu nabata chara ya, nye ya oche o ji nọdụ ala, ihe oriri mbụ Chukwu nyere ya bụ mkpụrụ ọjị maazi Igbo naara ya,waa ya ma nye Chukwu ka ọ buru ụzọ gọchaa ọfọ ọjị ahu, tupu a taa ya. N’ ịgọ,ya bụ ọfọ oji, Igbo bụ ụzọ gbawa ọjị ahụ, weputachaa ‘anya’ ya ma chịnye ha Chukwu.

Mgbe ha nọrịchara, Maazi Igbo achọọ ịla,Chukwu wee chechaa ihe ọ ga-enye maazi Igbo ma ọ chetaghi, O wee jụọ ya ihe ọ chọrọ iwere laa, o ga na-eji na-echeta ya. Maazi Igbo wee si ya nye ya mkpụrụ osisi ahụ o nyeburu ya na mbụ. Mpooro Maazi Igbo gaa n’ ebe o nwegasiri otutu Chukwu osisi a na-erigasi mkpụrụ ha. O bu n’ ebe ahu ka Chukwu, nye Maazi Igbo mkpuru ọjị.

## IHE OMUME 1:

i. Gụpụta ihe atọ e nwere ike iji mee ọjị

ii. Dee na nkenke, akụkọ na-akọ ka ọjị siri malite n’ala Igbo.

## NKENUUDI OMENAALA ỊWA ỌJỊ

N’ ọtụtụ ebe n’ ala Igbo, ọ buru na e weta ọjị, ihe mbụ a na-eme bụ ịgọ ọfọ ọjị. Ọ na-abụkarị onye bụkarịsịrị okenye n’ eiti ọgbaka ahụ na-agọ ya bụ ọfọ ọjị. Ihe a na-agọ n’ ọfọ bu ogologo ndu akụ na ụba igbochi ihe ọjọọ, iweta ihe ọma n’aka Chineke. Ọ bụrụ na okenye agọchaa ọfọ, o jiri aka ya ọjị ahụ dị ka n’ Awka na mbaukwu

N’ ọtụtụ ebe n’ ala Igbo, dịke Ehamufụ, ọ na-abụ okenye gọchaa ọfọ nwata awaa ma keewa ọjị. Okenye ahụ nwere ike jiri otu mkpụrụ ọjị ma ọ bụ a tụnye ya ‘anya’ ọjị ka o jiri gọọ ya bụ ọfọ ọjị. N’ebe ụfọdụ, ọ na-abụ okenye gọchaa ọfọ ọjị ọ waa ya ma chinyezie nwata ka okee. N’ebe ụfọdụ kwa ọ na-abụ mgbe ọbịa ga-ala ka a na-enye ya ọjị. N’akụkụ Akegbe, ọ na-abụ nwata waa ọjị. Ọ were otu ibe, tụnye okenye anya ya ma chịrị ndị ọzọ chịnye okenye nke ga-agọzi ọfọ tupu onye ọ bụla n’ọgbakọ ataa nke ya. Okenye ahụ bụzi onye ga-eke ya bụ ọjị.

## IHE OMUME II:

Kedụ ka e si awa ma na-eke ọjị na be unu?

## URU OJỊ BARA

i. Eji ọjị anabata ọbịa
ii. Eji ọjị alụ nwaanyị
iii. Eji ya agọ arụsị

iv. Eji edozi esemokwu
v. Eji ya agba ndụ

## IHE OMUME III:

i. Gwa m usoro abuo e si awa ojị n' ala Igbo
ii. Gụpụta uru ato ọjị bara n'ala Igbo.

## NCHỊKOTA:

Ọjị bụ mkpụrụ osisi ndị Igbo ji ele ọbịa ma o bụ eme ihe ndị iche iche na ndụ ha. E nwekwara ike iji ihe ndị ọzọ anọchite anya ọjị dị ka n'ile ọbịa. Ọ na-abụkari okenye gọchaa ọfọ ọjị, nwata awaa ma kee ya. E ji oji eme otutu ihe n'ala Igbo di ka ilu nwaanyi, igo arusi, igba ndu na idozi esmokwu.

## NNWALE

i. Gwa m ụzo ihe atọ e ji ọjị eme?
ii. Gụpụa uzo ihe atọ ọzọ e nwere ike iji nọchite anya ọjị
iii. Kọwaa usoro ndị obodo gị si awa ọjị.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 4: IKỌWA IHE ỊLỤ NWAANYỊ BỤ NA USORO E SI ALỤ YA N'ALA IGBO.

## MMALITE:

Mgbe anyị mụrụ ihe gbasara omenaala ndi Igbo na yunit nke mbụ, anyị gụnyere ịlụ nwaanyị n' omenala ndị Igbo. Mgbe anyị na-ekwukwa maka myiri dịgasị n' omenala Igbo, anyị metụrụ ọnụ n'ịlụ nwaanyị dị ka otu n'ime omenala Igbo ebe e nwere myịri. Ya bu mgbe onye ahu hụrụla nwaanyị ọ ga-alụ (ya bụ ịba ọhia ajụjụ).

Ọzọ kwa, mgbe anyị na-ekwu gbasara ọjị na yunit nke ato anyị kpọtụrụ ịlụ nwaanyị aha mgbe anyị na-ekwu maka uru ọjị bara n'ala Igbo

## MBUNUUCHE:

E bu n'uche na mgbe ị ga-agụcha ma mụchaa yunit a,. na ị ga-enwe ike

i. Ikọwa ihe bụ ịlụ nwaanyị
ii. Gosiputa usoro ndi Igbo na-agbasa n'ilu nwaanyi

## USORO OMỤMỤ YUNIT:

Gụdaruo yunit a ala ma gbakwa mbọ ghọta ya nke ọma. Nke a ga-enyere gị aka ighọta ihe anyị na-ekwu n'ebe a maka omenala ịlụ nwaanyị na usoro dị iche iche a na-agbaso na ihe iche iche a na-eme mgbe a na-alụ nwaanyi n'ala Igbo.

## NKỌWA OKWU:

Jụọ onye nkuzi gị oke ndi ị ghotaghị

## IHE OMỤMỤ:

**Gịnị bu ịlụ nwanyị?**

N'ịza aụjụ a, anyị ga-akọwa nwaanyị dị ka nwoke na nwaanyi ikwekọrịta na ha ga-ebi n'otu ụlọ dị na nwunye ruo mgbe ọnwụ ga-ekewa ha. O bighị naanị n'ime nkwekọrịta. Ọ bụru na e mezucha ihe niile dị na nkwekorịta ahu dị ka omenala obodo sị di, nwoke ahu na nwaanyị ahụ ga-ebiwe n'otu ụlọ dị ka omenala obodo si di, nwoke ahu, na abuo ahu nwaanyi ahu ga-ebiwe n'otu ulo ka di nwuye eziokwu. Ọ buru na mmadụ abụọ ahụ na-alụ onwe ha dị ka di na nwunye emechaa nkwekorịta, nne na nna ha abụọ ga-ekwekokarịtakwa n'akụkụ nke ha n'otụ. Ọ bụ naanị mgbe nke a mezuchara ka mmadụ abụọ ahụ ga-eji nwee ike ibi n' otu ụlọ di ka di na nwunye . Mgbe nwoke na nwaanyị ahụ biwere dị ka dị na nwunye, ihe ọzo a na-atụ anya ya n'aka ha bụ ịmụta na izụlita nwa. Ihe nke a pụtara bu na site n'ụzọ di otu a mmadụ abụọ ndị ahụ ehiwela ezi na ụlọ nke aka ha. Nwata nwaanyị ahụ enweghịzikwa oke na be nna ya ọzọ. Ọ bụzi ọrụ na oke dịịrị dị ya ilekọtazi ya na ụmụaka ha a. Nna nke nwonke ga- agbazi mbọ hụ na ya nyere

nwa ya nwoke na nwunye ya ọnọdụ na oke rụrụ ha n'ezi na ụlọ ya. Ọ ga-awanye ha ala ebe ha ga-arụ ụlọ, chịnye ha ji nke ha, ma nyegasịa ha ihe ndị ozo ruwere ha n'ezi na ụlọ ha. Site n'ụzọ di otu nwata noke ahụ ga-aghozi onye tozurula etozu n'obdo ya, ma nweekwa ike ịkwụrụ onwe ya.

## IHE OMUME

i. Kọwaa na nkenke ihe ịlụ nwaanyị pụtura
ii. Gịnị kpatara e ji alụ nwaanyị
iii. Gịnị ka nna kwesịrị imere nwa ya nwọke lụrụ nwaanyị ọhụu?

## USORO E SI ALỤ NWAANYỊ N'ALA IGBO

Usoro e si alụ nwaanyi dị n'iche iche site n'obodo dị ka ndị si eme. Mana ihe anyị ga-eleba a bu ihe ndị ahụ zuru Igbo ọnụ.

Mgbe nwata nwoke tilitere ihe e ji mmadụ eme, a na'achọwara ya nwaanyị o ga-alụ. Ọ nwere ike iji aka ya chọta onye a ga-alụ, ma ọ bụ nne, nna ma ọ bụ ikwu na ibe ya ejiri aka ha chọta. A chọta onye a ga-alụ, a banyezie ọhịa ajụjụ. A na-ajụ maka nwoke na-ajụ maka nwawaanyị. Nke a bụ ka e wee chọpụta ma ọ nwere ihe ọjọọ di na ndụ nwoke na nwawaayị ahụ na-alu onwe ha, ma ọ bu n' ezi na ụlọ ha nke ga-ebute ọdachi n'ọdinihu. E mechaa nke a, ezi na ụlọ abuọ a ekwekọkarịta mgbe ha ha ga-anọkọ ka a pịa okwu ọnụ. Nke nwoke na ụmụnna ya na-eweta ihe niile a gwara ha weta dị ka mmanya, ọjị na ụtaba. Ndị nke nwanyi ga-akado nke ọma site n'isiri ndị ọbia ha ezigbo nrị, tinyerere mmanya ha ga-enye ha.

Nke a gachaa, ihe ọzọ na-esota bụ ịgba nkwụ. Nke a bụ mgbe nke a bụ mgbe nke nwoke knadoter site na nwekọrita ya na ndị be ha na ndị be nke nwaanyi. Na nke a ka a na-enwe ezigbo oriri na onụnụ. Ikwu na luru ha na-abịazucha, isoro ụmụnne ha nwee ọnụ n' ihi n' ihi ihe ọma mere ha. Ndị lụrụ di na nwụnye na- agba egwu ma ndị nke ha abọọ ha ego . Na njedebe nke a, nwoke akpọrọ nwunye ya laa.

## IHE OMUME II:

i. Gụpụta ihe atọ e ji alụ nwaanyị
ii. Depụta ihe anọ nne na nna na ikwu na ibe nwere ike ịzụrụ nwa ha nwaanyị na-ala be di ya?
iii. Gụpụta ụzọ ihe abụọ a na-ekebi ụbọchị ahu ụmụnna abụọ a bụ ọgọ na akpa ihe niile gbasara alumdi na nwunye ụmụ ha

## NCHỊKỌTA:

N'ime yunit a, anyị kọwara ihe bụ ịlụ nwaanyị. Anyị kọwara usoro e si alụ nwaanyi n'alal Igbo. Anyị gosịpụtakwara ihe ndị a na-emeghị mgbe a na-alụ nwaanyị na ndị a na-emegasị mgbe a na-alu nwaanyị na ihe e jigasị alụ nwaanyị.

## NNWALE:

i. Kwụọ ọtụ uru pụtụra ihe a na-erita n'ịlụ nwaanyị.
ii. Gịnị mere ọ ji dị mkpa na a ga-aba ọhịa ajụjụ?
iii. Kedụ ihe ọ jị mkpa na nna new ụlọ ga-enye nwa ya nwoke ụrụ nwaanyị ọhụụ oke ya na be ya.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 5: IRI JI ỌHỤỤ NA ỊGBA NDỤ

## MMLITE:

Na yunit ndị gara aga (yunit 1-4) anyị mụru otụtụ ihe gbasara omenaala, ewumewu na nkenye ndị Igbo. Anyị lebara anya n' ihe ndị dị ka mpụtara omenala kpomkwem,myiri na njirimara ya; ewumewu Igbo na udị ya di iche iche; oji na iwa ọjị, na uru ọ bara ; ịlụ nwaanyi na usoro di iche iche e si alụ nwaanyị.

A bịazie n'ime yunit a, ihe ndị anyi ga-eleba anya bu, iri ji ọhụụ na ịgba ndu anyị na .anụ site n oge ruo n ogee be ndị igbo na asị na ha na eme mmeemme iri ij ohuu anyi na anụ ebe onye igbo na asi na ya eribeghị jị ọhụụ ma ọ bu na tụpụ ya erie ji ọhụụ na ya ga-eburu ụzọ mee oriri kpọọ ụmụnna na ikwu na ibe ya ọtụtụ oge kwa anyị na anu na redio ma ọ bụ gụta n akwụkwọ akụkọ ebe otu obodọ ma ọ bụ obodo ọzọ na-ama ọkwaa maka emume iri ji ọhuụ ha N ima okwa di otu ahụ a na ekwu ụbọchị oge na usoro a ga agbaso n emume ahụ Aha na akpogasị ya n ala igbọ dị iche iche dị ka ndị si eme . aha ufodu ndị igbo na akpọ ya bu ahịajịọku ịkeji ịhejịọku Nnekeji dgz N' aka nke ọzọ igbọ na agba ndụ n' ụzọ di iche iche iji wee kekọọ ma o bu jikọo onwe ha ọnu anyị ga elebazị anya n uju na mmemme gbasara iri jị ohụụ na ịgba ndụ.

### MBUNUUCHE

N'isi ngwụcha ihe ọmụmụ a ị ga enwe ike

i. kọwaa ihe bụ iri ji ọhụ
ii. kowaa usoro ma ọ bu mmemme dị iche iche a na eme mgbe a na eri ji ọhụu
iii gosịpụta ihe bụ igba ndu n ala igbo .
iv kọọ ka e si agba ndụ n ala igbo .

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT;

N ịmụ yunit a jiri nnọonwayoọ guda nkeji niile dị iche iche dị na ya gbakwaa mbọ hụ na i mezuchara ihe niil a gwara gị mee n ihe omume dị iche iche dị yunit a nakwa ihe nnwale na esota ya ebula ụzọ gaa chọwa aziza e nyere gi n akwukwo zaa nke gi tụpụ I chowa nke e ny ere gi n akwụkwo

### NKỌWA OKWU;

Jiri aka gị chọpụta okwa ndị siri ike na nghọta depụta ha ma gosị ha onye
Nkuzi gị ka o nyere gị aka n ebe unu na eme ihe ọmụmụ
Ọnụmkpu - ụzọ ebe mmadụ si ala be ya .

## IHE ỌMỤMỤ;

### NKỌWA IRI JI ỌHỤỤ

Nke a dị ka aha a ya si dị bụ imalte riwe ji n afọ ya bụ iri ji mbụ n afọ N ala igbo tupu rie ji mbụ n afọ a na emere ya mmemme pụrụ iche .ndị igbo na akwanyere ji ugwu

na nsọpụrụ pụrụ iche n ihi na ha kwenyere ji ugwu na nsopụrụ pụrụ iche n ihi na ha kwenyere na jib u isi akuku niil a na akụ n ubi.

Di ka anyị kwuru na mbụ, oriri ji bụ nnukwu ihe n'ala Igbo N'abalị ubochi ga-efota ụbọchi oriri ji kpọmkewm, ezi na ọlụ ọ ọbụla na-agba mbọ sachacịa ngwo ngwo ihe e ji na-esi ma na-eri nri na be ha. N'ụzọ ụtụtụ ubọchi ahụ, nwoke ọ bụla na 'aga n' ubi ji ya egwute ji ọhụụ. N'woke ahụ na aga, ọ na-eji obere ogele ọ ga na-akụ na na-aga n'ụzọ. Ọ lọta ọ nye nwunye ya ji nke a ga-esi ụbọchị ahụ. A na-azuta anụ na mmanya maka oriri a. Mgbe e sichara nri ahụ, a na-eburu ya gaa na'ihu arụsi ebe nwoke ahụ na-anọ akwanyere ji ugwu. Ebe ahụ ka ọ ga-anọ wee gọọ ji ahụ. Nke a bu ikele chukwu na ala mere ka ji ahu rute nke ọma. Nwke ahu mezucha omenala ya na igo ji ahụ so, oriri na adajịe.

N'ọtụtụ ebe n'ala Igbo, a na-eme mmemme iri ji ohụụ ụbọchị abụọ ụbọchị mbụ bụ oriri kpọmkwem ebe ubọchi nke abụọ bụ maka ihe ndi ọzọ dị iche iche ndị obodo wepụtara ha ji onwe ha obi ọma dị ka ịgba mgbe, iti mmanwụ, dgz. Nwoke ọ bụla chizuru n'ala Igbo na-akọta ndị ikwu na ibe ya dị iche iche n'oriri ji ọhụụ. Onye ọ bụla na-eri ma na-anụ dị ka o nwere ike.

**IHE OMUME 1:**

i. Gịni kpatara ndị Igbo ji eme mmemme pụrụ iche tupu ha erie ji ọhụụ?
ii. Mmemme ndị ahụ ha dị mkpa?
iii. Kedu ka e si eri ji ohuu n'obodo gi.

**ỊGBA NDỤ**

## NKỌWA ỊGBA NDỤ

Igba ndụ ndị Igbo bụ mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa ikwekọrịta n'otu ihe ma ọ dị mma ma ọ dị njọ. N'ime nke a, ọ na-enwerịrị otu ihe ga-abụ ihe ahụbaama ndụ ahu a gbara.N'omenala Igbo, ihe a n- ejikarị agba ndu na-abu mkpuru ọjị. Tupu mmadụ abụọ ma ọ bụ karịja agbaa ndụ, ọ ndu-enweriri ihe di n'etiti ha bụ ihe.

Kpatara ha ji agba ndụ ahụ. E leghị anya ọ bụrụ maka idozi esemokwu dịrịla n'etiti ha ogologo oge, ma ụ bụ ụ bụrụ iji mee ka nwekọkarịta ha kwekọkarịta n'otu ihe sie ike nke na ọ nweghi ọnye ọ bụla n'ime ọjị ha ga-atuwakakwa egwu na onye nke ọzọ ga-aghọgbu ya, Iji maa atụ, nwoke na nwaanyị kwere ike igba ndu ka onye ọ bula ghara ila azu n'ihe ha kwekokaritara. Ọbodo abụọ na-ese okwu nwekara ike igba ndụ na ha agashi es okwu ọzọ. Ndi Igbo kwenyere na onye o bula meberiri ndu a gbara ga-anwuriri. N'ihi ya, mgbe o bula a gbara ndu, onye/ndị ọ bụla gbara ya na-agba mbọ ka ha/ya ghara imebi ndụ a gbara.

## IHE OMUME II:

i. N'uche gị, ọ dị mkpa ịgba ndụ?
ii. Kedugasi udi ndi mmadu nwre ike igba ndu?

**KA E SI AGBA NDU**

A bịa n'ala Igba e nwgasịrị ụzọ ma ọ bu usoro di iche iche e si agba ndụ. O sitere di ka ndị si eme. N'ọtụtụ ebe n'ala Igbo, ihe e ji agba ndụ bụ ọjị Ihe a na-emekarị nke a na-abụ n'isi aka. Nke a gachaa, onye ọ bụla n'ime ha ga. Ewere otu ibe ọjị n'ime oji n'ime ọjị ha wetara, suru ya n'obara nke nwanne ya ma taa. Mgbe ọ na-eme nke a, o ga-ezipụta na o kwenyere n'ihe e kwekokarita. O mechaa nke a, o were ọjị suru ọbara nwanne ya taa. Ha niile ga-emezucha nke a ga-eme ka obi sie onye ọ bụla n'ime ha ike n'ihe e kwekọkarịtara.

## IHE OMUME II:

Kọọ ka e si agba ndụ n'obodo gị.

## NCỊKỌTA:

N'ime yunit a, anyi murụ maka:

Ihe iri ji ọhụụ pụtara

Ka e si eri ya; ya bu mmemme di iche

Iche a na-eme n'iri ji ohuu.

Igba ndụ n'ala Igbo

Ka e si agba ndu n' ala Igba.

**NNWALE**

i. Zpụta ndịiche di na mmemme iri ji ọhụụ n'obodo gị na nke a anyị Kọrọ ebeb a.

ii. Zipụta myiri dị na mmemme iri ji ọhụụ n'obodo gị na nke anyị kọrọ ebe a.

iii. Leruo anya mara ma ọ bụ na. Tiv ka ha na-eme mmemme pụrụ iche tupu ha ji erie ji ọhụụ.

iv. Jụọ ase mara ma ndị awusa na Yoruba ha na-eme mmemme iri ji ohụụ

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# YUNIT 6: OTU ỌGBỌ NA ỊGBA MMỌNWỤ

## MMALITE:

N'ihe ọmụmụ anyị na yunit 6, anyị lebara anya n'ihe ewumewu bụ na nkenụụdị ya. Na yunit nke a na-esote, anyị ga-eleba anya n'ụzọ ewumewu abụọ – otu ọgbọ na ịgba mmọnwụ. Tupu anyị amalịte ikwu maka ewumewu ndị a, ọ dị mkpa ka ị gaa gụkwa nkọwa e nyere gbasara ewumewu ka i wee chetakwa ihe ọ bụ na ihe ndị bụ nkenụụdị ya. I mechaa nke a, ị kwadola onwe gị nke ọma maka ihe ọmụmụ a nke na-abịa.

## MBNUUCHE:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

i. ịkọwa ihe bụ otu ọgbo

ii. ikwu ọrụ dị iche iche otu ọgbọ na-arụ

iii. ịkọwa ihe bụ ịgba mmọnwụ

vi. ikwu uru dị iche iche ịigba mmọnwụ bara

## USORO ỌMỤMỤ YỤNIT A:

i. Ebe ịmata ihe ewumewu bụ dị mkpa tupu e kwuwe maka ụdị ewumewu dị iche iche, ị ga-agba mbọ gụkwuo nke ọma, nkọwa e nyere gbasara ewumewu yunit 6.

ii. Gbaa mbọ gụọkwa ihe e kwuru gbasara nkenụụdị ewumewu dị iche iche na yunit 6.

iii. Gụọ ihe ndị e kwuru na yunit a gbasara otu ọgbọ na ọrụ dị iche iche ha na-arụ.

iv Otu aka ahụ, gụọkwa nke ọma ihe e kwuru na yunit a gbasara ịgba mmọnwụ na uru dị iche iche nke a bara.

V Gbaa mbọ mee dị ka e siri wee gwa gị, ihe omume ndị a gwara gị mee. otu aka ahụ kwa, zaa ajụjụ niile a gwara gị zaa.

## NKỌWA OKWU:

Lebaa anya n' ọkwụ ọhụrụ ndị ka a na mpụtara ha.

Mmọnwụ Ndị Igbo na-ahụ nke a dị ka ihe ndị na-anọchite mpụrịobi ndị ha nwụrụ anwụ n' ụwa a.

Ọgbọ Ndị a mụrụ n'otu oge ma ọ bụ n' agbata oge nke ndị ọ bụla

Kwekọrịtara iji wee na-ekpebi nke a ka a na-asị na ha dị n'ọgbọ.

Obom Mbara ebe a na-etipụta mmọnwụ.

Ekwuru Ime ụlọ a na-aru n'obom, ebe mmọnwụ si apụta

Ogbodu Ndị na-ababeghị na mmemme mmọnwụ.

Ụmụnkwụ Ndị naeso mmọnwụ.

Ebiri Aha ọzọ e nwere ike ịkpọ ọgbọ.

## IHE ỌMỤMU

N’ihe ọmụmụ a, anyị ga-ebu ụzọ kọwaa ihe otu ọgbọ na ịgba mmọnwụ pụtara.

i. otu Ogbo:- Nke a bụ otu ndị a mụrụ n’otu oge ma ọ bụ n’agbata oge nke ndi ọ bụla kwekwọrịtara iji wee kpebie nke a. O nwere obodo ndi nke ha bụ afo abụọ, ụfọdụ afọ atụ ụfọdụ afụ anọ ma ọ bụ karịa. A na-aba otu ọgbọ aba. Mgbe onye toruruịba otu ọgbọ, omee mmemme dị nay a wee banye.Otu ọgbo na-ano nzukọ site n’oge ruon’oge ebe ha na-ano eme iwu ha, akparịta ihe dịịrị ha tumadụ ihe ndị gbasara mmpe obodo na ọganihu nke onwe ha Otu ọgbọ ọ bula na-enwe aha a na-enwe aha a na-akpọ ha. E nwere ike ịkpọ otu ọgbọ otu Ebiri.

### IHE OMUME 1:

i. Olee aha obodo gị?
Unu nwere otu ọgbọ n’obodo gị?
Olee aha otu ọgbọ nke i so na ya?
Kọọ maka ọrụ otu ogbo unu ruru n’ obodo gi.

ii. Igba Mmọnwụ:- Nke a bụ mmemme nke mmọnwụ, ndị Igbo kwenyere na o bụ ha na-anọchite anya ndị ha nwụrụ anwụ n’ụwa .A na-eme ya n’ ọnụ ala ipụta gụọ ma gba egwu nke na-a bụrụ ndị mmadụ ihe nkịrị, ije ejije dị iche iche, ịkpa ndị mmadụ ọchị, iwere ọnọdụ ha n’ oge mmemme naoge akwamozu. Ndị nnukwu mmọnwọ dị ka ọzọebunu, ọmaba, akatakpa, odo dgz bụ ndị a na aba aba. Ndị bara n’ otu mmọnwụ ndị a ka a na-kpọ ndị maara mmọnwụ, ebe a na-akpọ ndị na-amabeghị mmọnwụ ogbodu. Ndị na-eso mmọnwụ ka a na-akpọ

**Ụmụnkwụ**. A na-anọkarị na mbara Obdo agba mmọnwụ ndi a. Ndị na-eti ọzọebunu na-anọkarị na mbara Obodo wee na-ezipụta ya. A bịa n’ Obom, e nwere ebe a na-

akpọ Ekwuru Mmọnwu nke bụ ulọ ebe mmọnwụ si apụta.

### IHE OMUME II:

i. Olee ụdị mmọnwụ ndị Obodo gị na-eti?
ii. A na-aba mmọnwụ aba n’ Obodo gị?
iii. Ị marala mmọnwụ ka ị ka bụ Ogbodu?
iv. Olee mgbe e ji eti mmonwu n’ Obodo gi?

Ugbu a ka anyị lebara anya n’ ọrụ otu ọgbọ na-arụ n’ obodo. Ha gụnyere:

i. Idewe Obodo ọcha
ii. Ịrụrụ Obodo ọrụ dị ka ịru ụlọ Ogbakọ
iii. Itiyere Obodo mmiri na ọkụ latrik
iv. Ịkpezi esemokwu na iche udo n’ obodo
v. Ichekwa Obodo

vi. Ịmụ egwụ dị iche iche a na-agba n’ oge mmemme
vii. Inyekọrịtara ọnwe ha aka tụmadụ mgbe onye otu ha ọ bula nọ na mkpa.

Otu aka ahụ ka anyị lebara anya n’ uru dị iche iche Ịgba Mmọnwụ bara. Ha gụnyere.

i. Ịgba mmọnwụ na-eweta obi anụrị
ii. E ji ya emejuputa oge mmemme dị iche iche
iii. Mmanwụ na-ekpere Obodo ikpe
iv. Ọ na-enye aka ime ka e nwee udo
v. Ọ na-enye aka ịhụ na a na-edewe iwu Obodo
vi. E ji ya echekwawa Obodo
vii. Ọ na-echekwawa omenala ndi.

## IHE OMUME III:

i. Olee ihe a na-akpọ otu ọgbọ n’ ọbọdọ gị?
ii. E wezuga Ọgbọ na Ebiri, chọpụta ma ọ dị aha ọzọ a na-akpọ otu Ọgbọ n’ Obodo gị.
iii. Chọpụta ma ọ dị ịhe ndi ọzọ dị mkpa ka e kwuo maka otu Ọgbọ, nke anyị na - arụtụghị aka ebe a.

## NCHỊKỌTA:

Ka anyị chịkọta ihe ndị anyị rụtụrụla aka ebe a, anyị kọwara na otọ Ọgbọ bụ otu ndị a mụrụ n’ otu oge ma ọ bụ agbata oge ndị ọ bụla kwekọritara maka iji kpọ ihe nke a Kwesịrị ịbụ. Anyị lebakwara anya n’ uru otu ọgbọ bara n’ obodo nke gụnyere ịrụrụ obodo Ịgba mmọnwụ bụ nke anyị kọwara dị ka ime mmemme mmọnwụ nke na- ewere isi ọnọdụ mmepụta ndị a-ịgụ na ịgba egwu, ije ejije, ịkpa ọchị, iwere ọnọdụ ha n’ oge mmemme na oge akwamozu. Ihe ndị a gunyere uru mmọnwụ bara:-

Inye obi anụrị dị ka ihe nkiri, iji mejupụta oge mmemme, ichekwa Obodo, ịhụ na e

Dewere ọnọdụ ha n’ oge mmemme na oge akwamozu.

Ihe ndị a gunyere uru mmọnwụ bara:-

Inye obi anụrị dị ka ihe nkiri, iji mejupụta oge mmemme, ichekwa Obodo, ịhụ na e dewere iwu obodo dgz.

## NNWALE:

Zaa ajụjụ ndị a:

i. Gịnị bụ otu ọgbo?
ii. Depụta ụzọ ihe atọ bụ ọrụ ndị otu ọgbọ
iii. Gịnị ka a na-akpọ onye na-amaghị mmọnwụ?

iv. E wezuga Obom, olee ihe ọzọ a na-akpọ ebe a na-agba mmọnwụ?

v. Olee ihe a na-akpọ ndị na-eso mmọnwụ

vi. Depụta uru atọ mmọnwụ bara?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 7: NCHỊKỌTA

**MMALITE:**

Na Mọdụụl9, ihe a kụziri gịbụ maka omenala, ewumewu na nkwenye ndị igbo, ị hụla ihe a kuziri gị na yunit1-9. Na yunit 10 a anyị ga-eleba anya n'isiokwu dị nay a ma meekwa nchịkọta yunit niile ị mụrụ maka yana 1 ruo na 9.

Ndị igbo bụ ndị chuku gọziri agọzi. Ọgụgụ isi aha na-edu ha na ndụ ha. Ha maara ụzo dị iche ha ji enweta ihe ha chọrọ. Mbe ụfọdụ mmiri ozuzo na-anara ndi igbo emume ma ọ bu mmemme ha na-eme nke na ndị mmadụ anghi abịali ya bụ emum. Kedụ ihe onye igbo nwere ike ime ka mmiri ozuzo ghara igbochi mmadụ ịbịa mmemme ọ na-eme? (Ihe ọ ga-eme bụ ichu mmiri). Ọ dị mma. Otu ahụ onye igbo si mara etu ọ ga-ise chụọ mmiri ka o sikwa mar auto ọ ga-esi dọọmmiri mbge ọ chọrọ ka o zoo. Ya mere na isiokwu anyị ugbu a bụ ỊHA MMIRI. Anyị mechaa nke a, anyị ga-elebakwa anya n'ịdụ isi dị ka ndị igbo si eme ya.

**MBUNUUCHE:**

Na ngụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

1. Kọwaa ihe bụ ịha mmiri ma nye ọmụmaatụ ihe e ji aha mmiri.
2. Kọwaa ihe bụ ịdụ isi ma kwuo ihe na-akpata ndị mmadụ ji adụ isi.
3. Nye nkọwa ihe bụ omenala, ewumewu na nkwenye.
4. Nye ọmụmaatụ omenlal, ewumewu na nkwenye.

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT NA MODUUL.**

Gbaa mbọ gụọ ihe niile a kuziri gin a yunit a na mọdụụl a. Jisie ike mee ihe omume na ihe nwale niile e nyere gi. Mgbe ọ bụla ị hụrụ ihe ị ghọtaghị, gakwuru onye nkuzi gị ka o nyere gị aka.

**IHE ỌMỤMỤ:**

**ỊHE MMIRI**

**Gịnị bụ ịha Mmiri?**

Ịha mmiri bụ nka pụrụ iche ndị igbo nwere ha ji eme ka mmiri zoo. O buru na a na-eme mmemme n'ebe ozo, onye Igbo nwere ike icho ka o mebiere onye ahu ihe site n'ihakwasara ya mmiri n'ihe o na-eme. Mgbe ahu onye na-eme mmemme ahu nwere ogbom n'ihe o na-eme.

**Kedụ Ndị-aha mmiri?**

Ọ bụghị mmadụ niile maar aka e si aha mmiri. Ọ bụ ndị a na-akpọ ndị igwe ka a maara ama na-aha mmiri zuru Igbo ọnụ Obodo o bụla n ala Ịgbo nwere ndị na –aha mmiri.

**Oge e ji aha mmiri.**

Oge e ji aha mmiri bụ mgbe o bula –ụtụtụ, ehehie, na abalị. Mgbe e ji aha mmiri na-abụ mgbe o nwere ihe a na –eme nobodo, onye iro akpachara anya haa mmiri ka ihe ana-eme ụbọchị ahụghara inwe isi ma ọ bụrụ na mmiri ekweghị mmadụ bịa. Ọtụtụ mgbe ndị na–aha mmirina-akpacha anya yie ndị mmadụ na –eme mmemme egwu ka ha chota ha nye ha onyinye di iche iche ka ha hapụ ịhakwasa ha mmiri.

## Etu e si aha mmiri

Ọtụtụ ndị na –aha mmiri ụzọ ihe iche aha mmiri Ụfọdụ na –efe yay a ka arụsị Ụfọdụ,

dị ka ndi o n agbụrụ anaghị efe ya efe, mgbe ha chọrọ ịha mmiri, ụfọdụ na ekwu okwu nkwusara onye ike na-enyere ha aka ka mmiri zoo. Ha mee etu ahụ, igwe ebido gbarụwa ihu. Urukpu ojii amalite kpuchiwe igwe buru oyi bịa N'oge na –adịghị anya, mmiri amalite izo.

**Ngwa e ji aha mmiri:** Ngwa e ji aha mmiri nke zuru ndị niile na-ahammiri ọnụ bụ mmanya, oji igbo,ji na ego. Ego ole a na-eweta sitere na mpkebi onye na-aha mmiri.Ọtụtụ mgbe ndị na-aha mmiri nwere ike kpụrụ mmanya n'ọnụ bụọ ya n'ikuku kwuo ihe ha ga- ekwu, ka mmiri zowe. Mgbe ụfọdụ, ọ na-abụ iwe wee ha ma ọ bụ anya mmiri gbaa ha, igwe agbarụọ I hu ozigbo. Igwe naa-erubere ha ma o bu anya mmiri gbaa ha, igwe isi. Ndi ozigbo. Igwe na-esikari na nkume enweta lkikere ha. Ufodu na –enwekwa ogwu di anaa ha ji eme anwunsi mana isi sekpunti ha akpa bu nkume.

**Ebe a na –aha mmiri**

Ndi na-aha mmiri nwere ike no ebe o bula kpoo mmiri oku o zaa. Ha nwere ike ino be ha mao bu n uzo ma o bukwanu n ogbako kpoo mmiri oku o zowe ozigbo. Ya mere na

Onwee ebe a aha-eme memmbe,igwe gbaqruwa ihu,a riowa onye na –aha mmii no ebe ahu ka o ojidereha igwe.

**Uru n'iha mmiri:**

Nji na-ahammiri nwere ike ino ebe o bula kpoo mmiri oku o zaa.Ha nwere ike ino be ha ma o bu n uzo ma o bukwanu n ogbako kpoo mmiri oku o zowe ozigbo. Ya mere na o nwee eba a na -eme mmemme ,igwe gbaruwa ihu, a riowa onye na-aha mmiri no ebe ahu ka o jigere ha igwe.

Uru di n iha mmiri: O na-enye aka ka mmiri zoo mgbee e ji choo ya.

Ọ na-eme ka ndị enweghị mmiri nwee yam aka ndị Igbo sị na ọ bụ ihe otu onye na –asọ nwere ike ịmasị onye ọzọ.

Ọ n-enye ndị na-eme ya ego.

Ọghọm dị n ịha mmiri

Ọ na –ebute ọdachi ebe a na-eme mmemme

Ọ na –ebute iro n etiti mmadụ na ibe ya.

Ọ na ebiri onye nọọrọ onwe ya ihe:

Ọna-eme ka ndị mmadụ na-emefu ego ha achọghị imefu.

**ỊDỤ IDI**

Gịnị bụ ịdụ ịsị

Ịdụ ịsị bụ ịga n ihu arụsụ ma ọ bụ ihe ọ bụla eji adụ isi were aha arọsị ahụ kwuo na ihe e kwuru maka gị abụghị eziọkwu ma ọ bụ kwee na i ga –eme ihe a sị ka i mee ma ọ bụ I kwere nkwere nkwa ya.

Ndị na-adụ isi bụ ndị e boro ebubo ma ọ bụn dị kwere nkwa na ha ga –eme ihe.Onwekwara ike ịbu ndị a manyere ka ha mee iha a chọrọ ka ha mee. N oge ọzọ ọ na-abụ ndị chọrọ igosi na ihe ha kwuru bụ eziokwu.

Ihe e ji adụ isi na etu e si adụ isi;

Ihe eji adụ isi bụ ọji na mmanya. A na-anọ n'okwu ma ọ bụ n'ihu arụsị adụ

Ndị na-adụ isi na-agọ ọfọ n'ihe ha ji adụ isi kwuo si ọ bụrụ na ọ bụ m zuru ohi ewu, ahụ, arụsị ụgangwu gbuo m, ma ọ nụghị m zuru ewu ahụ, arụsị chebe m.

**Uru dị n'ịdu isi**

Ọ na-eme ka e nwee nkwenye n'ihe mmadụ na-ekwu Ọ na-eme ka a chọpụta ndị na-eme ihe ọjọọ n'obodo, Ọ na-eme ka e kpochapụ ndị na-eme ihe ọjọọ n'obodo Ọghọm dị n'ịdu isi: O nwere ike gbuo onye emeghị ịhe ọ bụla. Ọ na-ebute iro n'etiti mmadụ na ibe ya

Ọ na-eme ka a ghara inwe ntụkwasị obin ebe mmadụ nọ.

**IHE OMUME1:**

1. Were nkọwa gosị ihe di iche n ịha mmiri na ịchu mmiri
2. Kedụ ụzọ ihe atọ e ji aha mmiri?
3. Kedụ ụzọ ihe abụọ nwere ịke ibutere ndị mmadu ịdụ isi?
4. Depụta uru atọ ịdu isi na-aba.

## NCHỊKỌTA OMENAALA, NA NJIRIMARA YA:

Na yunit 1 ka a kụziri isiokwu a. A kọwari omenala dị ka usoro obibi ndụ ndị

mmadụ bikọtara ọnụ n otu ebe na n otu oge. A na–asị na Igbo na–asụ n olu n olu mana ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu. Nke a pụtara ndị Igbo nwere omenala mana etu e si emepụta omenala ndị ahụ dị che iche site n'obodo fere obodo ọzọ. Etu e si alụ nwaanyị ma ọ bụ etu e si akwa ozu dị iche site n' obodo fere obodo. Ihe e ji mara omenala bụ mmadụ dum kwetara na a na eme ya. **NKỌWA EWUMEWU, MYIRI NA NJIRIMARA HA.**

Na yunit nke abụọ anyi kowara ewumewu dị ka ihe di iche iche obodo wubere kemgbe ochie nke bụ nwa tota o tokwuru nke na e nweghị ike igbanwe ya ma ọ bụ ikpochapụ ya di ka alụmalụ, azụmahịa dgz. E Kwukwara maka myiri na njirimara ewumewu. Ewumewu anaghị agbanwe. Ọ bụ omenala ka e ji eziputa ewumewu.

**NKỌWA, NKENỤỤDỊ OMENAALA.**

Na yunit 3, anyi kọwari ekenụụdị omenala dị ka udị omenala di iche iche nke ụfọdụ ụu ịwa ọjị, bara, ịlụ nwaayị na ife arụsị.

**NKỌWA ỊLU NWAAYỊ NA USORO E JI ALỤ NWAANYỊ.**

Ọ bụ site n ezinaụlọ ka ndị igbo ji amụba, nke a mere ndị nwoke ji alụ nwaayị ka ama nna ha ghara ichi. Ịlụ nwaayị bụ usoro na omenala dị iche iche nwoke na-eme tupu ndị mụrụ nwata nwaayị ọ chọrọ ịlụ akpọnye ya nwaanyị. Omenala a zuru Igbo ọnụ. Mana Igbo na-asụ n olu. anyị gbara mbọ gosịpụta usoro dị ịche iche esi alu nwaanyị n ala Igbo.

**IRI JI ỌHỤỤ NA ỊGBA NDỤ**

Na yunit 5, anyị kuziri maka iri ji ọhụụ na igba ndụ. Iri ji ọhụụ dị ka anyị si kwuo bu mmemme a na-eme ka e wee malite riwe ji n afọ. Emume a na-abụkarị n ụdị iri oriri dị iche iche na ịhụnyere mmụọ nweji aja. Mụọ a ka a na- akpọ ahịajiọkụ. Obododi iche iche na- akpọkwa ya aha dị iche iche di ka ihejiọkụ, ufejiọkụ dgz. A na-ejikwa ịgba mgba na iti mmanwụ achọ ụbọchị ahụ mma.

Na yunit ahụ, a kọwakwara ịgba ndụ dị ka emume mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa kwekọrịtara mee iji gosị na ọ nweghị onye ga –eri imperi na nkwa ha kwere onwe ha. E nwere ike a n ihu arụsị.A na-emekwa nke a site n'ime kaonye ọ bụla rachaa ọbara mmadụ ibe ya ma ọ bụ were ọjị suru ya taa. Tupu e mee mmemme ịgba ndụ a na-ekwupụtacha ihe bụ ihe e ekwekọrịtara.

**IHE OMUME II:**

1. Depụta njirimara omenala igbo abụọ ị maara
2. Gịnị bụ ewumewu?
3. Kọwapụta otu ihe kpatara e ji alụ nwaanyị.
4. Depụta uru abụọ ọji bara n'ala igbo.
5. Depụta otu ihe kpatara e ji agaba ndụ.

**NCHỊIKỌTA**

- Na mọdụul a ihe ị mụrụ maka ya bụ:
- Nkọwa omenala,myiri na njirimara omenala
- Nkwọwa ewumewu, myiri na njirimara ewumewu
- Nkọwa na nkenụụdị omenala
- Nkọwa ihe ilụ nwaanyị bụ na usoro e ji alụ nwaanyị

- Iri ji ọhụụ na igba ndụ
- Nkọwa ihe ewumewu pụtara na nkenụụdị ya
- Otu ogbọ na ịgba mmanwụ
- Nkọwa ihe nkenye pụtara na nkenụụdụ ya
- Ịlọ ụ wan a ọgbanje
- Ịha mmiri na ịdụ isi.

**NNWALE**

1. Depụta aha e ji mara ndị na-aha mmiri
2. Depụta ụzọ ihe abụọ kpatara e ji adụ isi
3. Were ọmụmaatụ abụụ gosị ihe bụ omeenala.
4. Were ọmụmaatụ ahụọ gosị ihe bụ ewumewu
5. Depụta ụzọ aha anọ a na-akpọ emume iri ọhụụ.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# MODUUL 10:

# KATỊGỌRỊ UTỌASỤSỤ

## UNIT 1: NKỌWA TENSỊ NA ỤDỊ TENSỊ E NWEGASỊRỊ:

**MMALITE:**

Mgbe gboo ndị igbo na-agụ oge site n ebe anyanwụ nọdebere. Ihe e ji ama chi obụbo bụ mgbe okeọkpa kwara nke ugboro atọ. Ejiri oge ugbu a gụba ya, ọ naa- abụkarị ma ọ were nkeji iri atọ gafee elekere anọ nke ụtụtụ. Okeọkpa ma ọ bụ egbene kwaa, nne nọ n'ezinụlọ na akpọte ụmụ ya, ha kpeere chineke wee malite ọrụ ha. Otu a ka ha si eji ebe anyanwụ kwụ wee mara oge n ụbochi wee ruo n'anwụ adaa chi jie. Ugbu a, elekere anochiela anya anyanwụ. Ọ bụghị naani n'ụbọchị ka e nwere ike ikwu ihe mere. Anyị nwere ike ikwu ihe mere taa, ụnyahụ, n odịniihu na nke chọrọ ịdị ma ọ dịghịzi Ọ bụ tensị ka e ji akọwapụta oge dị iche iche. Na yunit a, anyị ga-akọwa ihe dị iche na tensị dị iche iche e nwegasịrị na ọrụ ha na-arụ.

**MBUNUUCHE:**

N'isi njedebe ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike;

a. ikọwa ihe dị iche n tensị na oge

b. ịgụsịta ụdị tensị dị iche iche e nwegasịrị ma nyekwa ihe iji maatụ ha.

c. idepụta mkpụrụokwu ndị bụ tensị ndị ugbu a kpọmkwem na nyekwa ihe iji maatu ha

d. idepụta ngwaa stetivu ya bụ ngwandị ma zipụta ọrụ ha iji gosi tensị gara aga.

e. idepụta mgbọrọgwụ dị iche iche e ji emebe tensị ndịmecha.

ịkọwa usoro mmebe tensị di iche e nwere.

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:**

Ijighọta tensị nke ọma;

a. gụọ okwu mmalite e dere ebe a ka i wee mata otu ndị be anyị si agụ oge mgbe ochie ka ị wee nwee ike bata n'usoro ọhụrụ anyị a.

b. Gbaa mbọ mee ihe ọmụmụ niile nyere gị ka ị nwee ike isonye n ihe ọmụmụ a.

ch. Were aka gị chepụta ihe iji maatụ ndị ọzọ ka ị mara ma nke gị ọ dabakwara n'ụsọrọ ndị ọzọ.

**NKỌWA OKWU**

Anyị ga-atule ụfọdụ okwu ndị nwere ike ibutere gi mgbagwoju anya n ihe ọmụmụ a. Ohere dịkwaara gị ebe ị nwere ike idepụta okwu ndị ị ghọtaghị ma chọọ ihe ha pụtara n akwụkwụ ọkaasụsụ nke ndị SPILC dere.

Ngwandị- Bekee kpọrọ ndị a stative verbs Ha bụ ngwa ndị e ji ezipụta ọnọdụ ihe dị. Ngwaa kọpụla- Ngalaba ngwandị na-ezipụta ọnọdụ mezuworo eme Isi sekpụ ntị- Nke a bụ isi a hụrụ kwaa okpu na-egosị na ọ bụ ihe na-ekwu maka ya bụ ihe ahụ. N'ebe a naanị ngwaa ka tensị gbasara n ahịrịokwu.Wdg- wee dịrị gabazie Ịma – iji maatụ.

Depụta okwu ndị ị maghị ma were ọkaasụsụ chọta ihe ha pụtara.

----------------------------------------------------------------------------------------------------
----------------------------------------------------------------------------------------------------
----------------------------------------------------------------------------------------------------
----------------------------------------------------------------------------------------------------
--------------------------------------------------------------------------------------------

**IHE ỌMỤMỤ:**

Ọtụtụ mgebe ka ndị mmadụ na-asị na tensị bụ oge a abụghị eziokwu. E nwere ndịiche pụtara ihe n'ime tensị na oge. Tensi abughi 0go. Tensị bụ ihe e nwere ike ịtụdo aka mgbe ọ mere. E nwere ike ịsị na mmadụ mụrụ nwa n'ụtụtụ ụbọchị eke ma ọ bụ na atụrụ mmadụ nwụrụ n'ehihie ụbọchị afọ ma ọ bụkwanu na ụkpa ji ya dabara na mmiri na mgbede ụbọchị orie. Ihe ndị a niile, e nwere ike ịsị na ha mere bu tensị. Mgbe ihe jiri mee bụ ya bụ oge Tensị na-ejikọta ihe mere na oge o ji mee ọnụ Ha abụọ na-agakọ ọnụ Tensị na- ejikọta ihe mere na oge ihe ji mee kpọmkwem. Ọ bụ ngwaa dị n'ahịrịokwu ka tensị na-emetụta.A bịa n'ihe gbasara tensị, ngwaa bụ ya bụ ịsị sekpụ ntị nay a, ya bụ isi a hụrụ kwaa okpu. Ọ bụ mgbanwe a na-enwe a na-enwe nangwaa na-egosị ụdị tensị dị iche iche e nwere n'asụsụ igbo.

**IHE OMUME 1:**

a. Olee ụzọ abụọ pụtara ihe ndị igbo gbọọ ji agụ oge

b. Pụta n'ezi n elekere iri na abụọ nke ehihie, olee ebe oyinyo gị nọ mgbe ahụ

ch. Gịnị bụ tensị?

d. Gịnị bụ oge?

**ỤDỊ TENSỊ DỊ ICHE E NWEGASỊRỊ:**

Tensị ndịugbu a

Tensị Ndịnaazu

Tensị Ngaaradị

Tensị Ndịniihụ.

Tensị ndị a niile nwechakwara nkewa n’ime onwe ha.mgbe e rutere na nke ọ bụla a keazie nkewa ya.

(a) TENSỊ NDỊUGBU A:Asụsụ igbo nwere tensị ndịugbu a.A na-eji ngwaa kọpụla dị n’ime ngwandị ezipụta ya.Ha bụ n’dị a;

i. Ngwaa kọpụla kpọmkwem-

Nọ dị bụ Ọ nọ n’ụlọ

Ha nọ n’ime

Unu nọ n’etiti.

Oke dị na be unu.

Ncha ahu dị n’ala.

Ọ dị n’ elu.

Ọ bụ nwam.

Ndụbisi bụ onye ọh

Akụvuo bụ ọzọ.

Ngwaa kọpụla ndị a bụ ngwaa e ji ezipụta ọnọdụ ihe dị Ọ bu ha ka okwu igbo ji eme ngwaa ndịugbu a. A na-ejikwa ngwaa niile na-egosị mmetụta obi ezipụta tensị ndịugbu a. Ụfọdụ n’ime ha bụ ihu n’anya, ịkpọ asị ịghọta icheta, ịghasa, ikwesị, ịtụ anya,ihu ụzọ, wdg.

Anịkwenze hụrụ nwunye ya n’anya.

Ogu kpọrọ nwanne ya sị.

Ike jide masịrị m.

Ndị Agbọagbọ kwere na Chukwu.

I chere na iyitọ ga-ata?

Ndị a niile bụcha tensị ndịugbu a.Ha dabara n’otu anyị kpọrọ ‘rv’ ya bu ngwaa ndị nsonazụ ha na- abụ ‘r’+ụdaume ya bụ ‘-rv’.

Nke a na-ezipụta na ọ bụghị mgbe niil a hụrụ ngwaa nwere nsonazụ ’rv’ anyị asị na ọ bụ ngwaa ndịnaazụ.Ọ bụrụ na e tinyere ngwaa ndị a na ha agaghị abụkwa tensị ndịugbu a, ọzọ ọ site na ngwa ndị pụọ. O nwekwara ndị ọzọ e ji ezipụta tensị ndịugbu a. Ha bụ;

i. Ngwaa nzipụta ọrụsị dị ka, kpụrụ isi,chiri ntị, dara ngwọrọ toro afo, yịrị ara wdg Iji maatụ. Obianị mara mma. Ọhaekee jọrọ njọ.

ii. Ngwaa nzipụta ọrụsị dị ka, kpụrụ isi, chiri ntị dara ngwọrọ toro afọ yịrị ara,wdg. Iji maatụ.

Anịero kpụrụ isi anya ọcha .

Nwokoro yịrị ara.

Aniji toro afọ.

Ada dara ngwọrọ.

iii. Ngwaa nzipụta ihe onwunwe, dị ka,nwere:

Nnabude nwere ego.

iv. Ngwaa ndịnaya, dị ka juru, dọrọ,wdg. Iji maatụ;

Mpụrụ okpa juru nkata ya. Mbacha dọrọ n'iyi.

v. Ngwaa na-ezipụta ụtọ, nkataahụ na ndaghachi dị ka chara,jiri,kụwara,rere, bụrụ,pụrụ,kara,wdg.Iji maatụ. Nkwọmmma na-aga ahịa.Ọ dụagụ na-eri nri.Chioke na-achị ọchi. Anyị na edozi oche maka ule.

Ọmụmụ ndị a niile di n ihe iji mmatụ ka na-aga n'ihu mgbe a na-ekwu maka ha.

TENSỊ NDỊUGBU A MECHAA; Ọ bụ tensị a bụ tensị jikọrọ oge gara aga na oge ugbu a. E ji ya egosi ihe mere eme n oge gara aga ma ọ bụ nke dị ire ugbu a. ka aha ya si dị Ọ dị ugbu a mana ọ mechaala .A na–eji la eme nzonazụ ya.Iji maatụ;

Ụma eriela nri ahụ obi chọrọ iri

Nwangbọ ebịela obodo a afọ iri.

Ha agaala ọha gburugburu lọta.

1. TENSỊ NDỊNAAZỤ; E ji tensị ezipụta ihe merelanụ,ya bụ ihe mezurula emezu. Ha anaghị agazị n'ihi na ha emezuola.

Iji maatụ;

Akwaeke gara ahia.

Ọdụagụ churu mmiri.

Ọnamma tere ofe.

Ezeọra pụrụ azi.

Ahịrịokwu ndị a nile na-egosị ihe ndị mezurula emezu.

1. TENSỊ NGAARADỊ: Aha tensị a nwere na-egosị ihe gara ime ma emechaa ihe ahụ emezighị Iji maatụ:

Nwaadị gaara aga ahịa ma a sị na ọ ji ego

Chinze gaara egbu ochụ ma a sị na ọ hụrụ mma.

Chikelu gaara echi ọzọ ma a sị na ọ gburu ichi.

1 TENSỊ NDỊNIHU: E ji tensị a egosị ihe ka ga-eme n ọdịnịhu.

A na-eji akara –uhie jikọọ nnyemakangwaa ga na mmekangwaa wee zipụta tensị ndịnịhu. Iji maatụ:

Obodo eze ga-abụ eze.

Ụkata ga-aga nta echi.

Ọbueze ga- echi Egesị ọzọ.

Okenchi ga-enyere m aka n'isa ite.

**IHE OMUME II:**

a. Gụpụta ụdị tensị olee e nwere

b. Olee ihe dị iche n'ime ngwaa kobị la na ngwandị?

ch. Were ihe iji ma atụ zipụta ngwaa ọrụsị dị ka tensị ndịnghu a.

d. Gịnị bụ tensị ndịugbu a mechaa?Olee ihe bụ njirimara ya kpọmkwem?

**NCHỊKỌTA:**

Na yunit a, ị lebara anya na

- Otu ndị igbo gbọọ si agụ oge.
- Ihu bụ tensị.
- Ndịiche dị na tensị na oge.
- Nkejịasụsụ tensị na-agbado na ya
- Ụdị tensị enwegasịrị na ihe iji maatụ ha
- Tensị ndị ugbu a na nkenụụdị ya niile

NNWALE

a. N elekere isii nke mgbede ụbọchị anwụ na-acha kwụpụta n'ezi chee anyanwụ ihu ma lee anya mata ebe onyinyo gị dị zaa ajuju ndị a,

i. Onyinyo gị o toro ogologo ka ọ sụrụ mkpụmkpụ?

ii. Ọ gara gị n'ihu ka ọ gara n'azụ? Mee nke a ma ị laruo ma detuo ihe ị hụrụ

a. ''Ọ gara ahịa Olee ụdị tensị bụ ihe a? Gịnị kpatara ị ji kwuo otu a?

b. Nye ih iji maatụ abụọ ngwaandị na-ezipụta mmetụta n'obi

d Olee ọrụ tensị ndị ugubu a gawa?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 2: TENSỊ NDỊNIIHU NA TENSI NDỊNAAZỤ: NKWE NA NJỤ HA.

## MMALITE:

Anyị amzụọla ihe gbasara tensị ma hụkwa ụdị ya dị iche iche. a, anyị ga-eleba anya nke ọma n' ihe bụ tensị ndịniihu na tensị ndinaazụ. N' otu aka ahụ ka anyị ga-akpatụkwu aka n' usoro mmetụta nkwe na njụ tensị ndị a.

### MBUNUUCHE

N' isi ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

a. ịkọwapụta na e nwere tensị ndịniihu n asụsụ ịgbo site n idepụtea ya etu o kwesịrị.
b. igosị nke bụ tensị ndịnaazụ anyị nware n ime ahịrịokwu.
Ch. idepụta nkwe na njụ tensị abou ndị a
d. ịsa ajụjụ gbadoro isi na tensị ndị a.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

a. Gee ntị nke oma mgbe ị nwere isiọma onye nkuzi ikuziri gị.

b. Gụọ ihe a kụziri maka tensi nay unit nke mbụ.

Ch. Were aka gị chọta ọtụtụ ihe iji maatụ ma jụkwaa onye nkuzi gị ma ha dabakwara.Gbaa mbọ nwalee onwe gị site n' ajụjụ ihu omome na nnwale dị n'ihe ọmụmụ yunit

e. Gụghrịa nchịkọta ihe ọmụmụ a, ọ ga-enyere gị aka ịmụmị ihe akụziri.

### NKỌWA OKWU

Tensị-nke a na-akọwapụta oge ihe mere.Ndịniihụ- ọ na-egosị ihe ka ga-eme n' ọdiniihu.

Ndịnaazụ -Eji ya ezipụta na oge ihe mere agafeela.Mmekangwaa-Isingwaa na-ebu nganihu 'a' ma ọ bụ 'e' ma werekwaNnyemakangwaa 'ga' ma ọ bụ 'na' meeka echiche ya zuo oke.Nnyemakangwaa-Nke a bụ nkaji mkpụrụokwu na-enyere mmekangwaa

aka ka nghọta ha pụta ihe. -Nke a bụ mgbochiume'r' na ụdaume 'v'A na ejikarị ha eme nsonazụ.

**IHE ỌMỤMỤ:**

1. TENSỊ NDỊNỊIHU:

Nke a bụ tensị na-ezipụta ihe ka ga-eme n' ọdịniihu. Ihe niile gbasaratens ịgbadoro isi na ngwaa. Ọ bụ ụdị mgbakwunye a na-etinye na ngwaa na-eme ka o buru udi tensị a chọrọ ka ọ bụrụ. Ana-ewere akara uhie (-) jikọọ nnyemakangwaa 'ga' na mmekangwaa. Ka ha zipụta tensị ndịniihụ. Iji maatụ: Ezeuko go-aga nta echi. Iheeziakọ ga-asụ akwa mụ na ya.Anyị na Ugomma ga-abịa ụlọ.Dirọọha ga-akụ gweu.Ahịrịokwu ndị a niile na-egosị ihe ka ga-eme n' ọdinihu.

**TENSỊ NDỊNỊIHU NKE NKWE:** Anyị na-eme ka ị ghọta na tensị ndịniihu nke nkwe gosịpụtara onwe ya n' ahiriokwu ndị a:

Ọ ga-esi nri

Ha ga-aza ụlọ.

Unu ga-akụ ọka

Ihe ndị a niile ka ga-eme jụpita n' oge dị ni ihu.

**TENSỊ NDỊNỊIHU NKE NJU:**

Tensị ndịniihu njụ na-egosị ihe a na-atụ uche, ma ọ bụ na-elegara anya.Na ọ gashi emejupụta n' ọdiniihu. Ihe eji–gosị njụ bụ nganiihu 'a' na nanaazụ'ghị' ndị a na-agbakwunyere mmekangwaa iji gosị tensị ndịniihu njụ. imaatụ:

Ọ gaghị abịa.

Ha agaghi aba mmọnwụ.

Ụnụ agaghị echi ọzọ.

Ugbu a ka anyị dekọọ tensị ndịniihu nke nkwe na nke njụ iji mata ihe dị iche na ha abụọ.

| | **TENSỊ NDỊNỊIHU NKWE:** | **TENSỊ NDỊNỊIHU NJỤ:** |
|---|---|---|
| a. | Ọ ga-abịa. | Ọ gaghị abịa. |
| b. | M ga-eri ji. | Agaghị m eri ji. |
| ch. | Ha ga-ala ụlọ. | Ha agaghị ala ụlọ. |
| d. | Uduegbu ga-aza ụlọ. | Uduegbu agaghị aza ụlọ. |

**IHE OMUME 1:**

1. N' ahịrịokwu bidoro 'a' ruo 'd' olee nke gosịrị tensị ndịniihu?

(a) Ụkọolu tara azụ.

(b) Ọdanwụ nọrọ ebe a.

(ch) Nkwọma ga-echu mmiri.

Olee ndị nọ ebe a?

2. Were tensị ndịnịịhu nkwe ndị a tụgharịa ha na njụ.

(a) Aga m ebe akwa.

(b) Ọ ga-aga ahịa.

3.Gosịputa n' ahịrịokwu ndị a nke bụ tensị ndịnịịhu nke nkwe:-Agaghị m ebe akwa.

a. Nnabude agaghi ano n' ulo.

b. Ha ga-anọ n'ụlọ

c. Obi agaghị ańu mmiri.

**IHE ỌMỤMỤ II:**

**TENSỊ NDỊNAAZỤ:**

Tensị ndịaazụ na-egosịpụta ihe mere n' oge gara aga. Ọ bụ nsonaazụ ndị a e desịtara n' okpuru ka a na-agbakwụnye n' azụ isingwaa iji mebe tensị ndịnaazụ.

Iji maatụ:-

| ISINGWAA | NSONAAZU(rv) | NGWAA: |
|---|---|---|
| ri | ri | riri |
| ri | rị | rịrị |
| je | re | jere |
| ta | ra | tara |
| lo | ro | loro |
| rọ | rọ | rọrọ |
| kwu | ru | kwuru |
| ku | ru | kuru |

Ọ bụ nsonaazụ (rv) ndị a na-egosị ndịnaazụ. Ka anyị webata ha n' ahịrịokwu iji maatụ:

Nọọnọ riri ji.

Ọnanma jeer ahịa.

Ihudịnma tara azu.

Nwamgbọ kuru mmiri.

Ahịrịokwu ndị a gosiputara na e mere ihe ndị ahu n' oge gara aga. N' edemede, ọ bụ tensị a ka a na-ejikarị ede ihe n' ihi na ihe ihe a na-ede na-abukarị ihe ndị merlanụ.

**TENSỊ NDỊNAAZỤ NKWE:**

Tensị ndịnaazụ nkwe na-egosị na e mejupụtara ihe n' oge gara aga.

Ahiriokwu ndịa e desịtara na-egosị tensị ndịnaazụ nkwe:

Nnaanụ tara azụ.

Arọrọ m ezigbo nrọ.

Jaachike loro nri ji.

Ụma rịrị elu ube.

**TENSỊ NDỊNAAZỤ NJỤ:**

N' imebe tensị ndịnaazụ njụ, ị a-ewere 'ghị' mee nsonaazụ isingwaa iji

Nweta ya, iji maatụ:

| TENSỊ NDỊNAAZỤ NKWE: | TENSỊ NDỊNAAZỤ NJỤ: |
|---|---|
| Aniji pịara nwa ya ụtarị | Aniji apịaghị nwa ya ụtarị. |
| Anya tara azụ | Anya ataghị azụ |
| Chinze kwuru okwu | Chineze ekwughị okwu. |
| Ọzọ chiri ọha | Ọzọịgbo echighị ọha. |
| Akụvuo riri atụrụ | Akụvuo erighị atụrụ. |

**IHE OMUME II:**

1. N' ahịrịokwu bidoro na 'A' ruo na 'D' olee nke gosịrị tensị ndịnaazụ?
   a. Ọ na-abia.
   b. Ha bịara be m
   c. Unu ga-abịa
   d. .M gaghị abịa.

2. Were tensị ndịnaazụ nkwe ndị a tụgharịa na njụ:
   a. Uju riri akpụ
   b. E jeer m ahịa

3. Gosị n' ahịrịokwu ndị a ndị bụ tensị ndịnaazụ nkwe:
   a. Ọ tara azụ
   b. Ọ taghị azụ.
   c. Ọ ga-abịa.

d. Ọ gaghị abịa.

**NCHỊKOTA:**

Na yunit a, anyị lebara anya n' ihe ndị a:

Tensị ndịniihu.

Tensị ndịnaazụ

(ch) Nkwe na nju tensị abụọ ndị a.

**NNWALE:**

1. Desịta mkpụrụasụsụ e ji egosị njụ.
2. Were ahịrịokwu ndị a gosị tensị ndịniihu nkwe ka ị tụgharịa ha na tensị Ndịniihu njụ:
   a. Ha ga-abịa taa.
   b. Ijeọma ga-abịa taa.
   (ch) Ada ga-ekwu okwu.

3. Gosị tensị ndịniihu dị ebe a:
   - Ọ na-abịa.
   - Ọ tara anụ
   - Ọ naghị abịa.
   - Ọ ga-abịa.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 3: TENSỊ NGAARADỊ: NKWE NA NJỤ:

## MMALITE:

Sịte n' ihe ndị anyị merela, anyị amatala ihe bụ tensị na ọrụ ya dị icheiche n' ahịrịokwu Igbo. Ị ga na-ejezi ha ekwu okwu ma na-edekwa ihe kwa mgbe kaha were mara gị ahụ, mezie ka edemede gị na-aga were were n' ọnụ ịgụ.

Na yunit a, anyị ga-eleba anya n' ụdị tensị ọzọ bụkwarịị otu n'ime ndị

Anyi lebara anya na mbụ. Aha tensị a bụ ngaaradị, ya bụ, ihe ka eme e mechaa

ọ meghizi. Lezie anya ugbu a ka ị hụ ka o si aga n, ahirịokwu.

## MBUNUCHE:

N'isi ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

- Kọwaa ihe bụ tensị ngaaradị,
- Nye ihe iji maatụ tensị a, nke nkwe na nke njụ.
- Zaa ajụjụ gbadoro isi na tensị a.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

a. gee ntị n'ihe onye nkuzi na-ekwu mgbe ị nwere ohere ịhụ ya.

b. gụọ ihe niile gbasara tensị a nke ọma.

ch. soro ibe gị chọpụtaba ihe iji maatụ ụdị tensị a.

d. Gosị onye nkuzi unu ụdị ị chọtara ka ọ mara ma ị na-emekwa ihe ibe gị na-eme, ma ọ na-eme na gburugburu gị mebe ihe iji maatụ tensị a.

## NKỌWA OKWU:

Gburugburu-N'okirikiri ebe ahụ ị nọ.Ngaaradi/Ngaradị – Ihe aka adi nke n'adịghịzi.

Mgbakwunye-Nkeji mkpụrụokwu a na- etinye na ngwaa ka o nye ya nghọta a chọrọ.

Werezie aka gị lee ma o nwere okwu ndị ị maghị chọọ ihe ha pụtara n'ọba okwu ọkaasụsụ igbo ma ọ bụ jụọ onye nkuzi gị.

____________________________________________________________________

____________________________________________________________________

____________________________________________________________________

____________________________________________________________________

**IHE OMỤMỤ:**

Tensị ngaaradị dị ka aha ya sị dị bụ tensị e ji egosi ihe gaara ime mechaa

o meghịzi.Ịji maatụ:

Nwaadị gaara azụ ji ma a sị na o ji ego.

Ihueze gaara aza ụlọ ma a sị na ọ hụrụ azịza..

Mmiri gaara ama anyị ma a sị na anyị ejighị nche mmiri.

Ọgụeji ka-aga Nkwọ Agana ma ọ bụrụ na ọ hụrụ ụgbọala.

**NKE NKWE.**

Eji tensị a egosi nke nkwe ,ya ihe aka eme ma a sị na ihe ọzọeghochịghị ya. Iji maatụ.

Nwoke a gaara egbu mmadu ma a sị na ọ hụrụ mma.Ha gaara echi ya eze ma a sị na o kwere.Nweke gaara alụ Ihudịnma ma a sị na o ji ego.

**NKE NJỤ:**

Ọ nwere mgbe eji tensị ezipụta nke agaghị ime ma a sigodu n'ihe niile. Gaziri. Ọ bụ nsonaazu 'ghi'bu mgbakwunye e ji ezpụta nke a. Iji maatụ:

Nwaadị agaaraghị azụ ji ma a sị na o ji ego.

Nnenna agaaraghị ịda ule akwụkwọ ma a sị na ọ gụghị akwụkwọ.

Mmiri agaaraghị ima anyị ma a sị na anyị ejighị nche mmiri.

Unu agaaraghị ịza ụlọ ma a sị na a hụrụ azịza.

**IHE OMUME:**

a. O nwere oyiri dị na tensị a na aha ya?

b. Nye otu ihe iji maatụ tensị nke nkwe.

ch. Nyekwa otu ihe iji maatụ nke njụ.

**NCHỊKỌTA:**

Anyị lebara anya na:

-Ihe bụ tensị ngaradị.

-tensị ngaradị nke nkwe.

-tensị ngaradị nke njụ.

-N'ikpeazụ, anyị hụrụ na ihe niile e kwuru na tensị a enweghi nke mezuru.

**NNWALE:**

Dee nnọọ ọtụtụ ihe iji maatụ tensị a, ma nke nkwe ma nke njụ ka tesị a mara gị ahụ.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 4: NCHỊKỌTA YUNIT 1-4

**MMALITE:**

Na mọdụụle a ihe ọmụmụ anyi gbadokarịrị ụkwụ na katịgorị ụtọasụụ ngwaa.Ammụmụ ọzọ batara na mọdụụl a bụ katịgorị ụtọasụsụ mkpọaha.Ngalaba nke e sin a mkpọaha zipụta bụ pesịn na ngụ.Anyị chere na e nyela gị amụmamụ zuru oke ma a chịkọta ihe niile a kụziri gị.

Na yunit 10 a, nke bụ ngwụcha ihe ọmụmụ, anyị ga-agbalị ikuziri gị otu ihe ma ọ bụ abụọ nke ga emeka ihe niile doo gị anya.N'ịkpeazụ, anyị ga-arụtụ aka n'ihe ọmụmụ anyi merela na mbụ malite na yunit 1rue na yunit nke 9. Yunit 10 nke a bụzi nchịkọta na mmechi ihe ọmụmụ mọdụụl 10.

**MBUNUUCHE:**

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a ị ga enwe ike:

a. cheta ọtụtụ ihe dị mkpa a kuziiri gị.

b. tụgharịa uche n'usoro ọmụmụ dị mkpa maka mmụta

ch. Gosipụta ụzo dịkarịsịrị mma ị ga-esi mụtacha ihe anyị kụzigasịri-site n'ijụta mmadụ ma ọ bụ ije n'oba akwụkwọ

d. Gugharịa ihe niile anyị kụziiri gị ma zaa ajụjụ niile

**USORO ỌMỤMỤ:**

Site n'ime nke ọma nay unit a, ịga-agbalị:

a. ịgụ ma mụọ ngalaba dị iche iche dịgasị na mọdụụl nke iri a
b. detue okwu ụfọdụ gbara gị gharị n'akwụkwọ
c. gbaa mbọ jiri nwayọọ chọpụtachaa site n'ijụta onye nkụzi ihe ha pụtara

**NKOWA OKWU:**

a. Chọpụtachaa nghọta mkpụrụuuuokwu ụfọdụ siiri gị ike ighọta dị ka ndị a. Tensị –kaịgorị ụtọasụsụ ngwaa nke na-arụtụ aka n'oge kpọmkwem

b. Aspekịtị-katịgorị ụtọasụsụ ngwaa na-arụtụ aka ogologo oge ihe malitere mewe

ch. Gbalia chọpụta mkpụrụokwu ndi a na ndi ọzọ na ara ha-pesịn na ngụ.

**IHE ỌMỤMỤ:**

Akwụkwọ ụfọdụ n'uche ode ha,zipụtara na e nwere tensị atọ ma ọ bụ karịan'ụtọasụsụ igbo. Nke a agaghị agbawoju gị anya n'ịhi na agwọ otu onye hụrụ na-aghọ eke ihe dị mkpa bụ na ị ga-ama ma nwee ike kọwapụta ụdị tensị ọ bụla a kụziiri gị Aspekịtị bụkwa ụdị katịgorị ụtọasụsụ ngwaa nke gụnyere aspeịtị ndịnammecha, ngawanye na mmaahụ.

Ị ga-eleba anya n'aspekịtị ndị a mụọ ha ka ị wee nwee ike kọwapụta nke ọ bụla iji doo onye nkuzi anya na ị maara ya.ya bụ na odoro gị anya. Mara na pesịn na-agakọta

ọnụ.pesịn abụọ bụ onye pesịn nke mbụ na-agwa okwu ebe pesịn atọ bụ onye pesịn nke abụọ na-akparịta ụbụbọ maka ya. Mata na aha ọzọ ngụ nwere bụ nọmba.Ị ga-ama na nọmba a pụtara mkpọolu na ụbara. Omumaatu:m, mu,gị,i,ị,ya,o,ọ, bụ mkpọlou n,ịhi na nke ọ bụla n' ime ha nwere otu pesịn ụbara bụ ndị a,:anyị, unu, ha'ịhi na nke ọ bụla n'ime ha dị ọtụtụ.

**IHE OMUME 1:**

1. Were ahịrịokwu abụọ dị ka ọọmụmụatụ, kọwaa ndịiche e nwere na tensị na aspekịtị

2. N'ahịrịokwu abụọ, kọwaara nwata akwụkwọ ibe ị ihe bụ aspekịtị. Ngwawanye na nke mmahụ edoghị ya anya

3. were ihe ọmụmaatụ zipụta nkọwa nkwe na njụ'

O kwesịrị ka anyị rịtụkwa aka na tensị. Na nkụzi e nyere gị na mmalite n'elu, anyị na-ekwu na tensị na –atụrụ aka n' oge kpọmkwem mana ọ bụghị oge ebe ha na atụzi aka oge ihi jiri mee anyị na ezipụta mgbe ihe ga eme ma ọ bụ mgbe ọ mere tensị ndịnịzu na tensị ndịnazụ na tensị ngaradị. Lee ọmụmaatụ ha

Tensị ndịnịhu: Ọ ga aga ahịa unyaahụ.

Tensị ndịnazụ: Ọ ogara ahịa unyaahụ

Tensị ngaradị: Ọ gaara aga ahịa taa (ma ọ gaghị) N'ịhi nke a ka ọtụtụ ndị okachamara ụtọasụsụ igbo na ekwu na e nweghị tensị ndịugbu a kama na ọ bụ n aspekịtị ka ọ dabara.

**IHE OMUME II**

Site n ahịrịokwu iri ndịii a e depụtara n ebe a zipụta n ebe a katịgorị ụtọasụsụ ngwaa nke ọ bụla n ahịrịokwu ahụ dabara na ya

1 onye nkuzị anyị na akụziri anyị ihwe nke ọma
2 obi gara ahịa.
3 Nne esiele nri
4 Anyị gaara iga legọọs.
5 unu ga agụ akwụkwọ unu nke oma
6 Mmiri na ezo n uju n onwa julaị
7 Ngọzị na agụ ihe dị n'ịhu akwụkwọ nke atọ
8 Ha amụọla akwụkwọ ha maka ule
9 Ọ na akụ aka n'ụzọ
10 Nwunye m na akụzi nkuzi

**NCHỊKỌTA MODUUL 1-10**

Na yunit a nke na ewete ihe ọmụmụ yunit a na ngwụcha anyị gbalịrị izipụta ihe ndị a maka nchịkọta ga enyere gị aka

1 Tensị na ngalaba ole ha dị n'ụtọasụsụ igbo
2 E zipụtara gị ụdị aspekịtị ota aspekịtị ndịmecha nke ngawanye na aspekịtị mmaahụ Ị mụọla ihe ndị a a kpọrọ aha n elu ebe a tinyere pesịn na ngụ ma ọ bụ nọmba A tụrụ anya na ị ga enwe ike zipụta nke a n'amụmamụ gị na azịza ị ga enye n ajụjụ ọ bụla a ga ajụ gị. Gụgharịa azịza niile a e nyere na ngwụcha yunit ọ bụla iji nyere gị aka ịche ta amụmamụ anyị

## NNWALE 1:

Gụọ akwụkwọ ole a rụtụrụ aka malite na yunit I ruo nay unit 10. depụta akwụkwọ ndị na akwado nkuzi e nkụzi e nyere gị maka tensị dị n'ụtọasụsụ igbo

**NNWALE II;**

Gọsịpụta site n ịhọrọ ahịrịokwu ndị a tensị nke ọ bụla nọ na ya

1. ụma eriela nri ahụ obi chọrọ iri
2. nwamgbọ ebiela obodo a afọ iri
3. akwaeke gara ahịa
4. ọdụagụ churu mmiri
5. Ụkata ga-agba nta
6. obodoeze ga-abụ eze
7. nwaadị gaara aga ahịa

**NNWALE III**

Mepụta ahịrịokwu atọ kọwapụta tensị ato doro gị anya n ụtọasụsụ lgbo

**IHE OMUME 1**

(1) Tensị bụ katịgorị ụtọasụsụ ngwaa nke na-arụtụ aka n oge kpọmkwem
Ebe aspekịtị bụ katịgorị ngwaa na-arụtụ aka n ogologo oge ihe jiri mewe

(2) Aspekịtị ngawanye na-arụtụ aka ogologo oge ihe malitere mewe
ma ị maghị oge ọga-akwụsị ebe aspekịtị mmaahụ na-ezipụta omume ma ọbụ ihe mmadụ na eme maara ya ahụ

(3) a .Ọkọ na-agụ akwụkwọ n aba (nkwe)

b. Nne ya anaghị agụ akụkwọ (njụ)

**IHE OMUME 11;**

Aspekịtị mmaahụ

tensị ndịnaazụ

aspekịtị ndịmecha

tensị ngaraadị

tensị ndịnihu

aspekịtị mmaahụ

aspekịtị ngwanye

aspekịtị ndịmecha

aspekịtị ngawanye

aspekịtị mmaahụ

**NNWALE:**

1. Igbo maka sinịo sekọndịrị 2 nke Emenanjo na ndị otu ya.
2. Ụtọasụsụ Igbo maka ndisekọndịrị na kọleji-Nwankwọ,I.C.
3. Ụtọaụsụ Igbo maka junịor sekọndịrị-Ọfọmata, Chinedu E.
4. Ọkaasụsụ (Igbo Metalanguage- The society for promoting Igbo Language and culture.

**NNWALE:**

1. Ndịnazụ
2. ndịnazụ

3 ndịnihu
4 ndịnihu
5 ngaraadị

**NNWALE**

1. Obi gara ahịa unyaahu-Tensị Ndịnazu
2. Anyị g-ala echị-tensi ndịnihu.
3. Ngozị gaara ịbia be anyị-tensị agaaradị

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# MODUUL 11: ASỤSỤ

## YUNIT 1: IHE ASỤSỤ PỤTURA NA NJIRIMARA YA

### MMALITE

E were asụsụ dị iche n'elu ụwa. Agbụrụ ọ bụla nwere asụsụ ha. Asụsụ ndị a dị: Awụsa, Igbo, Yoruba, potoki, bekee, na jamaanụ w.dz. ọbụrụ na e nweghị asụsụ o nweghị etụ agbụrụ ndị a, akpọrọ aha ga-esị na- enwe mmekọrịta n onwe ha. Ma ọ bụghị asụsụ mmadụ gaara na-akpa agwa ka anụ bi n ọhịa.

### USORO ỌMỤMỤ YUNITA.

1. Gụọ okwu mmalite nke ọma tupu ị gaa n' ihe ọmụmụ
2. Leba anya na mbunuche e nyere ọ ga-enyere gị aka isonye n ihe ọmụmụ.
3. Nwelee onwe gị site n ajụjụ dịn a njedebe ihe ọmụmụ
4. Gụọ nchịkọta ọmụmụ ka o nyere gị aka ịmụmi ihe a kụziri

### NKỌWA OKWU.

Agbụrụ-Ndị eji otu omeala, otu asụsụ mara ma ha ebirikwa n oyu ala.

### IHE ỌMỤMỤ

### A. IHE ASỤSỤ PỤTARA

Asụsụ bụ okwu ekwuru n ọnụ ma ọ bụ e det ụrụ edetu site na mkpụrụ edide ya. Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta Asụsụ ga enwerịrị ndị na-asụ Ya ma sikwa na ya na-aghọta onwe ha. Ọ bụ site n asụsụ ka mmadụ si egosịtpụta

Ihe dị ya n obi .

Ọ bụgị iile anyị na – anụ bụ asụsụ. Anyị na-akọwupụta ebe a na ihe ndị a ụkwara, uzere,ughere, akwa na mkpọtụ dị aṅaa abụghị asụsụ. O nwekwara ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta dị ka:ifere mmadụ aka; n' ụdị ka ọ bịa, ma ọ bụ ka ọ pụọ.Ileanya na –egosị, kwụsị ihe ahụ pụọ ebe a ma ọ bụkwanụ mechie ọnụ.Ikwe n'isi iji gosị 'ee' ma ọ bụ ife n'isi iji gosị mba.E nwekwara ike mmad ụ adụọ n' ubu iji gosị na ya ajụla. Ụzọ ndị a dum bụ usoro e si ezirịta ozi ma o bụ enwe mmekọrịta site na mmegharị ahụ ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ. Mkpu ụmụ anụ abụghị asụsụ.

### IHE OMUME(1)

1. Gịnị bụ asụsụ?
2. Nye ọmụmaatụ anọ ihe ndị abụghị asụsụ
3. sọ ihe na –asụ asụsụ bụ
   a) atụrụ
   b) ehi
   ch) agụ
   d) mmadụ

B. **NJIRIMARA ASỤSỤ**

Ihe ndị bụ a njirimara asụsụ

1. A ga-ebu ụzọ mụta ịsụ asụsụ tupu odide ya.
2. Asụsụ na –enwe nhazi na usoro e si asụ ya
3. Asụsụ dị ụzọ abụọ nke e kwuru n’ ọnụ na nke e deturu edetu.
4. Asụsụ na-enwe izubgbe ya
5. E si n asụsụ amata agbụrụ onye si dị ka yoroba, Igbo, na Awụsa
6. Asụsụ na-eto ma ọ kwụsị ito eto ọ nwụọ.
7. Ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ
8. Ọ bụghị ihe niile a na- asụ n ọnụ ka e nwere ike ịnabata n’odide
9. Asụsụ na-enwe ụtọasụsụ
10. Asụsụ enweghị nke ka ibe ya mma
11. Asụsụ ọ bụla zuuru ndị nwe ya
12. Asụsụ nwere ohere ịnabata okwu ndị di n’ asụsụ ndị ọzọ
13. 13.Asụsụ bụ ihe dị ọkpụ.

**IHE OMUME(2)**

1. Ihe ndị a bụ njirimara asụsụ ma e wezuga otu
   (a) asụsụ nwere usoro e si asụ ya
   (b) asụsụ na-enwe izugbe ya
   (ch) ọ bụ naani mmadụ na-asụ asụsụ
   (d). asụsụ enweghị ike ịnwu anwụ.
2. Asụsụ na-eto euto pụtara na
   (a). asụsụ nwere nghọta
   (b). ọ dị okpu
   (ch). asụsụ nwere nke ka ibe ya mma
   (d). asụsụ na-abawanye na mkpụrụokwu.

**NCHỊKỌTA.**

A kụzierela gị na asụsụ bụ okwu e kwuru e n’ọnụ ma ọ bụ e detue ya edetuo nke nwere nghọta.

Ị mụkwara ihe gbasara njirimara asụsụ n’ụdị ya dị iche iche na yunit a.

Asụsụ nwere ohere ịnabata okwu ndị di n’ asụsụ ndị ọzọ

**NWALE:**

1. Desịta ụzọ mmegharị ahụ dị iche iche mmadụ na ibe ya si ezirịta ozi ma ọ bụ enwe mmekọrịta.

2. Ihe ndị a enweghị nghọta beere sọ:

(a). ukwara

(b). ughere

(ch). Uzere

(d). asụsụ

3. Asụsụ enweghị nke ka ibe ya mma pụtara:

(a). na asụsụ niile ahaghị

(b). na asụsụ nwere ike ịnabata okwu

(ch). Na asụsụ niile nhatanha

(d). na ọ bụ naanị mmadụ nwere asụsụ

4. Ihe niile anyị na-anụ ọ bụ asụsụ?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 2: ỌRỤ ASỤSỤ

## MMALITE

Ihe ọ bụla dị adị nwere di adi nwere ọrụ ọ na-arụ ma ọ bụ uru ọ bara o jiri dị. Mmiri ozuzo nwere ọrụ ọ na–arụ n'ebe mmadụ nọ N'otu aka ahụ ka anwọ na-acha acha siri nwee ọrụ nke ya. Ọrụ asụsụ na-arụ n'ebe mmadụ nọ buru ibu.

## MBUNUCHE

Na njedebe ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

(a). ikwupụta ọrụ dị iche iche asụsụ na-arụ

(b). idesịta o peka mpe ọrụ isii asụsụ na-arụ

## USORO ỌMỤMỤ YUNITA

1. Gụọ okwu mmalite nke ọma n'ihi na ọ ga-edubanye gi n'ihe ọmọmụ
2. Leba anya na mbunuche e nyere ka i were chọpụta usoro ị ga-esi abgide ihe ọmụmụ a.
3. Nwalee onwe gị site n' ajụjụ dị na njedebe ihe ọmụmụ
4. Lebakwa anya n'ọrụ dị iche iche asụsụ na-arụ nke a kụziri nay unit a.
5. Gụọkwa nchịkọta ihe ọmụmụ ka o nyere gị aka mụmie ihe a kụziri.

## NKỌWA OKWU

Leba ihe ọmụmụ dị na yunit a anya ma họpụta okwu ndị ị maghị ka i chọpụta ihe hapụtara na n'ọkọwaọkwu.

## IHE ỌMỤMỤ

## A. ỌRỤ ASỤSỤ

Asụsụ nwere ọrụ ma ọ bu mkpa dị iche iche ọ na-emejupụta n'ebe mmadụ nọ. Leba ọrụ asụsụ na-arụ anya n'ihe ndị a:

1. MMEKORITA: Asụsụ nyere aka mmadụ na ibe ya inwe mmekọrịta

2. EZIMOZI: Asụsụ ka e ji ezirịta ozi ndị a:-ide leta, ịkụ waya

3. MGBASA OZI: Ọ bụ asụsụ ka e ndị na-arụ mgbasa ozi ndị a: Rediọ na Televishọn ji ekwepụta ma na-eme ihe ngosị ụfọdụ.

4. AZỤMAHỊA: E wepụ asụsụ, azụmahịa ga-akpụ n'ala. Onye na-ere ihe na Onye na-azụ ihe bọ asụsụ ga-eme ka ebummuche ha gaa nke ọma

5. ỌCHỊCHỊ: Ochịchị agaghị adị mfe ma ọ bụrụ na ejịghị asụsụ kọwapụta ka ihe siri dị n'etiti ndị ọchịchị na ndị a na –achị.

6 ỌMỤMỤ NA NKUZI: Ọ bụ asụsụ ka e ji akụzi ihe ma were ya na-amụ ihe.

8. OMENALA: O bu asusu ka e ji akowaputa omenala ndi.

9. IDE AKWỤKWỌ: Asụsụ na arụrụ odee nnukwu ọrụ n'ihazi edemede ya.

## IHE OMUME

1. Asụsụ na –arụrụ nnukwu ọrụ

(a) mmadụ

(b). Nkịta

(ch). Nnụnnu

(d). Mgbada

2. Azụmahịa nke mmadụ na ibe ya ga-aga nke ọma ọ bụrụ na e jiri

(a).ekworo

(b). ihu ọjọọ

(ch). asụsụ

(d). ọgụ na mgba

3. Asụsụ na-enyere ndị ọchịchị ak-

(a). imebi

(b). idozi

(ch). imeghari

(d). ịkọwapụta

## NCHỊKỌTA

Akọwaarala gị ọrụ asụsụ na–arụ na ebe ịhe ndị a dị

1. Mmekọrịta
2. Ezimozi
3. Mgbasaozi
4. Azụmahịa
5. Ọchịchị

6. Omenala
7. Ọmụmụ na nkozi
8. Ịdị n’otu
9. Ide akwụkwọ

**NNWALE**

1. Gaa desịta na nwa nke nke ọrụ dị iche iche asụsụ na-arụ
2. Desita aha ụlọ mgbasa ozi abụọ ji asụsụ arụ ọrụ.
3. Asụsụ na-eweta
   (a). ịdị n’-otu
   (b). ọchịchị
   (ch). mkpasasị
   (d). ịrahụ ụra

4. ……………………….ka odee ji ede edemede ya
   (a). azụmahịa
   (b). ọchịchị
   (ch). asụsụ
   (d). ịdị n’otu

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 3: NCHỊKỌTA

## MMALITE

Yunit 3 bụ nchịkọta ihe niile anyị mụrụ na modụụl 11. Ihe ndị a gunyere ihe Olundị pụtara na njirimara ya, igosịpụta olunidị dị iche n’ ala Igbo, ihe asụsụ. Pụtara na njirimara ya, ọrụ asụsụ, ihe Igbo izugbe pụtara na njirim ara Ha gunyekwara ịgosịpụta mkpụrụokwu Igbo izugbe dị ịche iche n’ ala Igbo, myiri na ndịiche dị n’ olundị na Igbo izugbe, nkọwa ihe mmụbaokwu bụ na ụzo di iche iche e si enweta okwu ọhụrụ n’ Igbo tinyere ebe na ụzọ di iche Igbo si amụba E lebakwara anya n’ uru dị na mmụbaokwụ.

Ndị Igbo sị, na a nyụchaa nsi a kapịghị ya ọnụ ọ bụrụ otoro. Nke a mere a ga- eji metụgharịa ma chịkọlata n’ ụzọ di nkenke ederede a n’ eba a iji hụ na ị mụtamiri iche niiie a kụziri nke ọma.

## MBUNUUCHE

Na ngwụcha ihe ọmụnmụ a, ị ga- enwe ike:

1 kọwapụtami mpụtara na njirimara okwu ndị a: olundi asụsụ, Igbo izugbe na mmụbaokwu.

2. igosịpụtami olundị na mkpụrụokwu Igbo izugbe dị iche iche n’ ala Igbo

tinyere myiri na ndịiche ha abụọ

3. ichọpụtazu uru asụsụ na mmụbokwu bara

4. ikọwapụtami ụzọ di iche okwu ọhụrụ si abate n’ Igbo na ụzọ dị iche iche okwu Igbo is amụba.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A.

1. Iga- ebu ụzọ gụgharịa mmaite site na yunit nke mbụ ruo na nke itoolu. Ị

mechaa ya ị banye na nke iri. Nke a dị mkpa n’ ihe na ọ bụ ihe niile dị n’ ime ha ka, a chịkọbara na yunit a.

2. Mgbe ị na- agụ yunit a, ihe ọ bụla ị chọrọ ịgụ n’ uju, gaa chọọ ya na yunit mụrụ maka ya n’ ihe na ọ bụ naani n’ ụzọ dị nkenke ka ha dị n’ ebe a.

3. Gụgharịa mbunuche ka I wee nwee ike ịmata ihe ọmụmụ ọ bụla na-ekwu.

4 saa anya na mmiri mgbe ị na- eme ihe omume. Ọ bụrụ na ọ dị ihe Omume nke a gbagwojuru gị anya, gaghachi na yunit ebe a kụziri ya mbụ ma chọpụta ihe mmekpaahụ ahụ

5. Gbaa mbọ chọpụta ihe ndị gbara elu na yunit

**NKỌWA OKWU:**

Ịkọwapụtami - ịkọwapụta ihe n’ ụzọ nghọta ga- esi zuo oke ịkọwapụta ihe Karịa otu a kọwara ya na mbụ.

ịchọpụtazu - ịchọpụta ihe niile

**IHE ỌMỤMỤ:**

**NKE MBỤ: ỊKỌWAPỤTAMI MPUTARA NA NJIRIMARA OLUNDỊ,**

**ASỤSỤ IGBO IZUGBE NA MMỤBAOKWU**

Na yunit 1, a kọwara olundị dị ka olu e jiri mara ndị nke e jikwara inwe Mkpọnume na mkpọnimi. Nijrirmara ya ọzọ bụkwa inwe karịa ụdaume asatọ na mkponume na

iri abụọ na asatọ. A kọwapụtara asụsụ na yunit 3 dị ka okwu ekwuru n’ ọnụ ma ọ bụ e deturu edetu nke were nghọta. Njirimara ya gụnyere igosịpụta agbụrụ ndị na- enwe ohere nabata okwu ndị dị na’ asụsụ ọzọ. Njirimara ya ọzọ bụ na ọ na- eto eto ma bụrụkwa ihe ọ bụ naanị mmmadụ na- asụ. A bịa na yunit 5, a kowapụtara Igbo izougbe dị ka olundị pụtara ihe nke a nabatara dị ka nke a ga na- asụkarị ma ọ bụ na- ede ma ọ bụ kparịta ụka n’ ogbako. Njirimara ya guntere ịnabata okwu mbite, inwe ụdaume asatọ na mgbochiume iri abụọ na asatọ.

Na yunit 8, a kọwara mmụbaokwu dị ka ụzọ di iche iche e si enweta mkpụrụokwu dị ka

Okwu mbibi sitere na mba na olundị ndị Igbo dị iche iche, okwu akamere ma ọ bụ apịrịapị, ntụgharị na ụ da. Nke ọzọ bụzi isite n’ ijikọ mkpụrụokwu ole na ole iji mepụta aha na ijikọta isi ngwaa abụọ iji mepụta ngwaa.

1. otu n’ ime ndị a bụ njirimara olundị.

   a. inwe naanị ụdaume asatọ
   b. inwe mkpọnume na mkpọnimi
   ch. inwe naanị udaelu na ụdansụda da
   d. inwe naanị mgbochiume iri abụọ

2. olee nke bụ eziokwu gbasara asụsụ?

a. Ọ bụ naanị okwu e deturu edetu

b. Ọ naghị anabata okwu si n asụsụ ọzọ

ch. Ọ bụghị naanị mmadụ na- asụ asụsụ

d. Ọ na- egosipụta agbụrụ ndị .

3. Maakia (✓ na ndị bu eziokwu ma maakịa (x) na ndi abughi eziokwu.

(i) Igbo izugbe bụ olu ndi Owerre

(ii) Igbo izugbe nabatara si n’ asụsụ ọzọ bite okwu

(iii) Mmụbaokwu bụ ụzọ dị iche iche mkpụrụokwu si abata n’ asụsụ

(iv) Naanị otu ụzọ ka okwu Igbo si amụba.

**IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ**

**IGOSỊPỤTA OLUNDỊ NA MKPỤRỤOKWU IGBO IZUGBE DỊ ICHE ICHE N’ ALA IGBO.**

A kọwapụtara olundị dị iche iche na yunit 2 na steeti ndị a: Anambra, Abịa, Ebonyi, Enugu,

Imo, Delta, na Rivas. E gosịpụtara o pekata mpe olundị Atọ na steeti ọ bụla.

E gosịpụtakwara mkpụrụokwu Igbo izugbe dị ịche na yunit 6 di ka ndi a: ụlọ, ofe, otu, gịnị dgz.

A bịazie nayunit 7, akọwapụtara myiri na ndịiche dị n’etiti olundị na Igbo izugbe. Myirir ha abuọ metụtara nke ọ bula n’ ime ụdaume, myirirụdaume, Mgbocheume, ịbụ asụsụ ụdaolu na inwe mkpụrụmkpị. Mana ndịiche ha metụara ọnụọgu ụdaume mgbchiume na mkpụrụụdasụsụ. Nke olundị na ndị a karịrị nke Igbo izugbe. E gosịpụtakwara na ọdịdị mkpụrụokwu olundị dị iche na nke Igbo

izugbe.

**IHE OMUME 2:**

1. N’ olundị e nwere n’ asụsụ Igbo nke si steeti Imo bụ otu n’ ime ndị a
   a. Olu
   b. Obigbo
   Ch Ikwere
   d. Ngwa

2 N’ olundi e nwere n’ asusu Igbo si steeti ebonyi bu otu n’ ime ndị a
   a. Ndọkị
   b. Ọhụhụ
   ch. Agụleri
   d. Enyimba

3. Detu o olundị ise e nwere n’asụsụ Igbo nke steeti Enugu.

(i) ______________________________________________

(ii) ______________________________________________

(iii) ____________________________________________________________

(iv) ____________________________________________________________

(v) ____________________________________________________________

**IHE ỌMỤMỤ NKE ATO**

**URU ASỤSỤ NA MMỤBAOKWU BARA**

A kọwapụtara ọrụ asụsụ na- arụ nay unit 4 dị ka ihe na- enye aka na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, izi na ịgbasa ozi, ịzụ ahịa na ichi echichi, ịkọwappụta omenala anyị na ide ihe.

A hụkwara mmụbaokwu dị ka ihe na- eme ka asụsụ anyị na- eto ma meekwa

Ka anyị nwee mmasị n' ịsụ asusu anyị mgbe ọ bụla n' ihi na okwu eji asụ ya ijru eju

Bara abara.

**IHE OMUME 3:**

Asụsụ na- eweta otu n' ime dnị a:
a. ịdị n' otu
b. adịghị n' otu
ch. Ima akwụkwọ

d. nkọwa obodo

2. Nke kara diode mkpa n' ọrụ ya bụ:

c. oke akwụkwọ
d. ịma mmadụ
ch. Nka ọchịchị

e. asụsụ

Gosịpụta ụzọ ọru abụọ asusu na- arụrụ onye nkuzi n' ụlọ akwụkwọ

(i) ____________________________________________________________

____________________________________________________________

(ii) ____________________________________________________________

4. Gosịpụta uru abụọ mmụbaokwu bara

(i) ____________________________________________________________

ii) ____________________________________________________________

____________________________________________________________

## IHE ỌMỤMỤ NKE ANỌ

ỤZỌ DỊICHE ICHE OKWU ỌHỤRU SI ABATA NA ỤZỌ DỊICHE

ICHE OKWU SI AMỤBA N’ ASỤSỤ IGBO

Yunit 8 na 9 kowaputara otu okwu ohụrụ si abata n’ asụsụ Igbo site na ndị a:

(i) okwu mbibi
(ii) okwu akamere
(iii) ntụgharị
(iv) olundị
(v) ụda

A kọwapụtakwara na okwu na- amụba site

(i) n’ ijikọ isingwaa abụọ iji mepụta ngwaa

ii) n’ itinye /ị/ ma ọ bụ isingwaa iji mepụta mfinitiivu.

(iii) n’ ijikọ isingwaa abụọ iji mepụta ngwaa.
(iv) n’ n’ itinye /m/ ma ọ bụ /n/ na ngwaa iji mepụta aha.

**IHE OMUME 4:**

1. Otu n’ ime ndị a bụ okwu banyere n’ asụsụ Igbo site n’ olundị
   a. Ose ch. Oche

   b anya d. nde

2. E tinye /m/ na ngwaa e nweta
   a ntimkpu b. aha

   ch. ụrọokwu d. mbụrụ

3. Mkuruokwu ole ka a ga- ejike onu tupu e meputa ‘ALAMAEZIOKWU?

**NCHỊKỌTA:**

Na yunit a, ị mụgharịala:

(i) mpụtara na njirimara asụsụ, olundị, Igbo izugbe na mmụbaokwu
(ii) olundị di iche na mkpụrụokwu Igbo izugbe dị icheiche tinyere myiri na ndịiche ha abụọ.
(iii) ọrọ asụsụ na uru mmụbaokwu bara
(iv) Uzọ di ịche iche okwu ọhụrụ si abata n’ Igbo na uzo di iche iche si Amụba “Igbo.

**NNWALE**

1. otu n’ ime ndị a bụ Igbo izugbe

a. ashụ b. uye ch. Aka d. eka

2 Otu n’ ime ndị a bụ olundi

a. eze b. isi ch. azụ d. ara

3. Otu n’ ime ndị a bụ okwu mbibi e sir na Yoruba bite

a. Bokwu b kasaa ch. ashawo d. ekpeteshi

4. Mmụbaokwu na- eme ka asusu

a. gba ngọ b. too eto ch. nọrọ otu ebe d. dị nkenke

5. Otu n’ ime ndị a bu olundị n’ asụsụ Igbo site na steeti Delta.

a. Ọnịcha b. Ndọki ch. Ụkwụanị d. Ikwere

6 Maakịa (x) na ndị bụ eziokwu ma makịa (x) na ndị bu asị

(i) Asụsụ na- eweta mmekọrịta mmadụ na ibe ya

(ii) Olundị ndị Obigbo niile bụ Igbo izugbe

(iii) Ndị Ngwa enwegjị oiundị
(iv) Onye ọ bụla bụ onye Igbo nụrụ Igbo izugbe ga- enwe nghọta ya
(v) Uwe bụ Igbo izugbe

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# MODUUL 12:

# ATỤMATỤ OKWU NA AGHỌTAAZAA

## YUNIT 1: NKỌWA ATỤMATỤ OKWU NA NKENỤỤDỊ YA:

## MMALITE:

Ọ dị mkpa na mmalite a, ka o kọwaara gị ihe bụ atụmatụ okwu na nkenuudi ya. okwu bụ okwu ndị ahụ a na- ewebata ma e kwuwe Okwu iji kwalite okwu ahụ a na- ekwu n' ime ya ka ọ dịkarịa omimi, kara nwee ugwu ma karakwa maa mma.

Atụmatụ okwu nwere ọtụtụ nkenụụdi ma a bịa n' ihe ọmụmụ anyị na yunit a, anyị ga- akpọpụta naanị ise n' ime ha bụ ndi anyị ga- eleba anya n' ihe ọmụmụ anyi Atụmatụ okwu ise ndịa bụ:

Myiri, Mbụrụ, Ajụjụ Nzaraonwe, Nsinụda na Ucheụda.

**MBUNUCHE:**

Na ngwucha ihe ọmụmụ a ị ga- enwe ike:

i. ịkwa ihe atụmatụ okwu bụ

ii. inye ọmụmaatụ nkenụụdi atụmatụ okwu dị iche iche

iii. ijiri ahịrịokwu zipụta ka atụmatụ okwu ndi a sị aru orụ ma ọ bụ abata n'okwu.

iv. ịkọwa ka atụmatụ okwu siri dị iche n' atụmatụ okwu.

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:**

i. Ị ga- agba mbọ gụọ ma ghota ihe niile a kọwaara gị na yunit a gbasara isiokwu anyị na- eleba anya.

ii. ga-eme nke a site n' ibugodu ụzọ gụọ ma matachaa ihe gbasara atụmatụ okwu tutu ị ga gụọ ma matakwu nkenụụdị ya.

iii. Ị ga- agbalị hụ na ị zara ajụjụ niile a jụrụ g nnwale ma meekwa ihe iile a sịrị gị mee n'ihe niile a sịrị gị mee n'ihe omume.

iv. Hụ na ị zachara ajụjụ ga n' onwe gị tutu i gaa nye onyeweanya n' azịza ndị e depụtara gi na ngwụcha akwụkwo ọgụg gị. E bula ụzọ gaa nyọtachaa azịza e depụtara tutu ị malite zawa nke gị n' ihi na nke a agahị enyere gị aka.

## NKỌWA OKWU:

Ebe ọ bụ na okwu ole na ole bụ okwu ọhụrụ dị n' ihe ọmụmụ yunit a, anyị ga- ewepụta oge kọwaara gị ha n' ụzọ pụrụ iche mgbe e rutere n' ime ihe ọmụmụ. Ọ dịghị mkpa ka e tinyechaa ha akara ụdaaolu ebe a, ka i were mata olu eji akpọpụta ha.

i. Myiri ii. Mbụrụ

iii. Ajụjụ Nazara onwu iv. Nsinụda

v Ucheụda

## IHE OMUME I:

Gbaa mabo kpọpụta okwu ndị augboro ole na ole. Gaa

Kpọpụtara ha onye nkuzi gi ka ọ mara ma I kọptawara ha ka e siri chọọ

## IHE OMỤMỤ:

N’ ihe ọmụmụ a, anyi ga- ejiri ahịrịokwu wee na- ezipụta ka atụmatụ okwu

ndị a e jiri wee maa atụ atu si aru oru n’ okwu. Anyị ga- eme nke a, ma anyị kọwapụtachaa n’ uzo dị mkpirisi, ihe kenụụdi atụmatụ okwu ndị a e jiri wee maa atụ bụ.

Anyị mechaa ihe ndị a, anyị ga- arịtụkwa aka ka atụmatụ agụmagụ na atụmatụ okwu Siri wee metụta.

a. i. Myiri : Nke a bụ isi na otu ihe di ka ibe ya.

### Ọmụmaatụ:

a. Obi dị ka naa ya (Obi yiri nna ya )

b. Eze ya dị ka eze agụ (Eze ya yiri nke agụ )

(ii) Mburu: Nke a bụ isi na otu ihe dị otu a

### Ọmụmaatụ:

a. Nwoke ahụ bụ agụ (Nwoke ahụ siri ike nke uke okwu).
b. Ọlamma bụ anyanwụ ụtụtụ (Ọlamma mara mma dị egwu)
i. Ajụjụ Nzaraonwe: Nke a bụ ajụjụ a na atụghị anya kaa zaa ya azaa n’ ihi na ọ kọwara ozigbo ihe ọ na ekwu.

### Ọmụmaatụ:

a. I chere na anyị bụ ewu? (Mata na anyị adighị nzuzu).

b. Gịnị ji nkịta ọnwụ? (Ọdịkwaghị ihe a na- eche).

iv) Nsinụda: Isite n’ uda ihe na- eme wee mata ya ma ọ bụ nye ya aha.

## Ọmụmaatụ:

a. Nwoke ahụ kụrụ omwe ya gwoo gwoo.

b. Ndị ọrụ ahụ- akụ gbam abam.

v. Ucheụda: Ụda ndị a na–esite na ha mata ka ihe a na- ekwu maka ya dị (n' ile anya)

## Ọmụmaatụ:

a. Akwụkwọ osisi ahụ dị warawara

b. Ahụ nwaagbọghọ ahụ na- akwọ mụrụmụrụ.

B. Atụmatụ okwu na Atụmatụ/ agụmagụ na- arụ otu ụdị ọrụ mana atụmatụ agụmagụ n' onwe ha bụ obere ngalaba dị iche ịche e nwere n'agụmagụ odinala di ka ilu, asịnilu, ụkabụilu, dgz.

## IHE OMUME:

i. Chọpụta ma depụta atụmatụ okwu anọ na- abụghị ndị a rụtụrụ aka n' atụ a mara ma kọwaa otu n' ime ha.

ii. Tụọ otu ilu ị maara.

## NCHIKOTA:

Lee anye nke ọme ka ịhụ ihe ole na ole bụga isi n' ihe anyị rụtụrụ aka na yunit a:

i. Anyị kwuru na atụmatụ okwu bụ okwu ndị ahụ na-abata n' okwu anyị

na- ekwu iji wee mee ka ya bụ okwu karra mie emie, dị ugwu ma maa mma.

ii. Anyị nyere ma kọwaakwa ọmụmaatu ole na ole bụ nkenụụdị atụmatụ okwu dị ka myiri, mbụrụ, ajụjụ nzaraonwe, nsinụda na ucheụda.

iii. Anyị jiri ahịrịokwu zipụta ka ihe ndị a si arụ ọrụ n' okwu.

iv. Anyị kọwapụtara nwa ntakiri mmekọrịta dị n' etiti atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ.

## NNWALE:

Zaa ajụjụ ndị a:

i. Olee otu uru atụmatụ okwu bara n' okwu?

ii. Jiri ahịrịokwu, nye ọmụmaatụ atụmatụ okwu ndị a: myiri, mbụrụ na ucheụdaa.

iii Nye ọmụmaatụ atụmatụ okwu abụọ n’ atụmatụ agụmagụ

v. Kọwaa ihe bụ ajụjụ nzaraonwe.

iv. Depụta ajụjụ nzaraonwe a n’ ụzọ nkọwa n’ ahịrịnkwusa, “Ọ bụ anyị ka

Aba na-amụrụ ọkpọ?.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 2: Nkọwa Akpaalaokwu Na Ọmumaatụ Ha

## MMALITE:

N'ihe ọmụmụ yunit 1, anyị lebara anya n' atụmatụ okwu, atụmatụ agụmagụ na nkenụụdị ha. Ugbu a, anyị ga- eleba anya n' otu nkenụụdị atụmatụ agụmagụ nke a na- akpọ akpaalaokwu. Anyị ga- enyekwa ọmụaatụ ya n' ụdị iche iche.

Akpaalapkwu bụ atụmatụ okwu na okwu iji wee kowapụta n'ụzọ miri emi ihe a na-ekwu maka ya. Mgbe ụfọdụ ihe a na-ekwu na- adị iche, nkọwa ya adị iche. E jikwa atụmatụ okwu achọ okwu mma ma jirikwa ya eme ka asụsụ kaa akaa ma bụrụkwa nke a ga- echemi echiche ime wee ghọta.

## OMUMAATU AKPAALAOKWU:

i. Uche na- eme aka abụọ (ime aka abụọ)

ii. Obi tara nwoke ahụ mmiri (Obi ita mmiri.)

iii. Nwata ahụ ebughị ntị n' isi (ntị adịghị n'isi).

iv Nna ya nwere aka ntagide (aka ntagide).

v Anya adighi Okeke mma (anya adịghị mma).

vi. Ndị ọbịa ahu nwụ obu n' aka wee bị a (ịnwị ọbụ n' aka

## MBUNUUCHE:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-emwe ike:

i. ịkọwa ihe akpaalaokwu bụ
ii. inye ọmụmaatụ ụdị akpaalaokwu dị iche iche.
iii. ịkọwa ọrụ akpaalaokwu na- arụ n' asụsụ Igbo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Ị ga-ebugodu ụzọ mata ihe bụ akpaalaokwu site n' ịgụ ihe niile e dere gbasara ya nay unit a.

Nkọwa gachaa,i ga-enye ọmụmaatụ ya dị iche iche ma zipụta ha site n' ahịrịokwu. N' Ikpeazụ, ị ga-achọpụta ọrụ akpaalaokwụ na-arụ n' asụsụ.

Gbaa mbọ zaa ajụjụ niile a jụrụ gị ya na ihe omume niile dị na yunit a.

## IHE OMUMU:

Ugbu a, a ga- akọwara gị mpụtara dị n' akpaalaokwu ndị a e jiri mara gị

atụ:

| Akpaalakwu | Itinye N’ ahịrịo | Nkọwa |
|---|---|---|
| Obi ịta mmiri | Obi tara nwoke ahụ mmiri | Nwoke ahụ adịghị emere mmadụ ibe ya ebere |
| Aka ntagide | Nna ya nwere aka ntagide | Nna ya adịghị ekwe enye mmadụ ihe |
| Anya adịghị mma | Anya adịghị Okeke mma | Okeke bụ onye ara |
| Ịnwụ obu n’aka | Ndị obịa ahụ nwụ obu n’aka wee bịa | Ndị obịa ahu mara ezigbo ụzọ wee bịa |
| Ime aka abụọ | Obi na-eme aka abụọ | Obi bụ onye ohi |

## IHE OMUME:

(i) Chọpụta akpaalakwu anọ ndị a na-arụtụghị aka ebe a

(i) Tinye ha n’ahịrịkwu ma nyekwa nkọwa ha dị ka e siri wee mee n’ihe ọmọmụ a

## NCHỊKỌTA:

(i) Anyị kọwara akpaalakwu dị ka atụmatụ okwu e ji ekwu iji wee kọwapụta n’ụzọ miri emi ihe a na-ekwu maka ya.

(ii) Anyị kwụrụ na ọrụ akpaalalaokwu na-arụ n’asụsụ bụ ime ka asụsụ kaa akaa ma chọọ ka e chemie echiche ime wee ghọta ya Ọ na-emekwa ka asụsụ maa mma ma nwee ugwu

(iii) Anyị nyere nkọwa akpaalaokwu ise anyị jiri wee maa atụ na nkuzi e nyere n’ihe ọmụmụ emere na yunit a.

## NNWALE:

**Zaa ajụjụ ndị a:**

(i) Gịnị bụ akpaalaokwu ?

(ii) Olee ụzọ uru abụọ akpaalaokwu bara n’asụsụ Igbo?

(iii) Kọwaa ihe ahịrịokwu a pụtara “Ihe a jụrụ anyị tara akpụ”

(iv) Kaa akpaalaokwu dị n’ahịrịokwu a ihe n’[ihe n;okpuru ‘Ada bịtụrụ mma aka’

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 3: Ịkọwapụta Ihe Bịambiamgbochi, Egbeokwu Na Nhagideokwu Pụtara Na Ọmụmaatụ Nke Ọ Bula N’ime Ha:

## MMALITE:

N’ihe ọmụmụ gara aga, anyị lebara anya n’ atụmatụ agụmagụ a na-akpọ Akpaalaokwu. Tutu anyị agaa n’ihe ọmụmụ nke taa gbasara atụmatụ okwu ndị a Kpọgara Bịambịamgbochi, Egbeokwu na Nhagideokwu,achọrọm ka ị jiri ahịrịokwu. Nye ọmụmaatụ otu akpaalaokwu ị maara ma nyekwa nkọwa ya

Tutu anyị agaa n’ihụ ,ka anyị nye ntakịrị nkọwa gbasara atụmatụ okwu atọ ndị a anyi ga-eleba anya ugbu a.

i. Bịambịamgbochi bụ atụmatụ okwu nke na-ezipụta usoro uda site n’ijiri otu ụdị mgbochiume wee malite ọtụtu mkpụrụ okwu dị n’otu ahịrịokwu.

**Ọmụmaatụ** : Ụmụntakịrị ahụ na-agbalị ịhu na ha faara onwe ha fapụta site n’ebe ahu fakoro afakọ. Anyị ga-ahụ usoro ụda sitere na mgbochiume ‘f’ wee pụta.

ii **Egbeokwu:** Atụmatụ okwu a bụ nke na-eme ka ihe a na-ekwu buo nnukwu ibu ma ọ bụ pee nnukwu mpe karịa ka ihe ahụ a na-ekwu maka ya ha.

## ỌMỤMAATỤ:

Ji o kere n’ọba ya hacha kaỤtọ Na Ilu: Ihe na-atọ ụtọ na-elu ilu.

Ọnwụ Na Ndụ: Ule anyị a bụ nke ọnwụ na ndụ.

## MBUNUUCHE:

Na ngwucha ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe ike:

i. Ịkowa ihe Bịambịamgbochi,Egbeokwu na nhagideokwu pụtara.
ii. inye ọmụmaatu nke ọ bụla n’ime ha.
iii. Ịkọwa ọrụ atụmatụ okwu ndị a na-arụ n’asụsụ Igbo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Ịga-ebugodu ụzọ mata ihe bụ Bịambịamgbochi na ọmụmaatụ ya site n’ịgụ

ihe e kwuru maka ya na yunit a. Nke a gaa, ị ga-amatakwa ihe bụ Egbeokwu ma nyekwa ọmụmaatụ ya. Gụọ ihe e dere maka ya. Nke atọ , ị ga-achoputakwa ihe bụ Nhagideokwu na ihe ndi a ga-eji maa atụ ya..Gụọ ihe e dere maka nke a na yunit a nke ọma. N’ikpeazụ , ị ga-achọpụta ọrụ atụmatụ okwu atọ ndị a na-arụ n’asụsụ Igbo.

Gụọ nke a nke ọma.

Gbaa mbọ hụ na i mere ihe omume niile ma zaakwa ajụjụ niile a jụrụ gị na yunit a.

## NKỌWA OKWU:

Lee ka e si akpọpụta okwu atọ ndị a site n'ụdaolu ha.

i. Bịambịamgbochi.

ii. Egbeokwu.

iii. Nhagideokwu.

A kọwalara gị okwu ọhụrụ ndị a na mmalite yunit .

## IHE ỌMỤMỤ:

N'ihe ọmụmụ anyị, ga-eleru anya n'ọrụ atụmatụ okwu atọ ndị a na- arụ n'okwu na asụsụ Igbo iji wee kọwapụta uru ha bara.

i. **BỊAMBỊAMGBOCHI:** Ụmụntakịrị ahụ na-agbaị ihụ na ha faara onwe ha fapụta site n'ebe ahụ fakọrọ afakọ. Site n'ụda ndị a mgbochiume 'f' webatara n'ọtụtụ okwu ndị dị n'ahịrịokwu a, o ryere ụda nke mere ka ihe a na-ekwu gaa werewere ma dị ụtọ n'ige gee.

ii. **EGBEOKWU:** Ji o kere n'ọba ya hacha ka ukwu ọji. ụkwụ nwoke ahụ na - arịa dịcha ka nke anwụta.Anyị lee anya n'ọmụmaatụ nke mbụ anyị ga-achọpụta n'ezie na ọ dịghị ji ga-aha ka ukwu ọjị. A bịa n'ọmụmatụ nke anyị ga-amata na etu ụkwụ onye orịa ahụ ahala na o nweghị mgbe o ga-eji dị ka nke anwụta. Ọru atụmatụ okwu a na-arụ n'asụsụ bụ na o na-eme ka e site n'ihe ahụ e jiri maa atụ wee mata n'ezie na ihe a na-ekwu ya buru nnukwu ibu ma ọ bụ na o pere nnukwu mpe. Nke atụmatụ a mara na-eme ka onye na-agụ ya chịtụ ọchị.

iii. **NHAGIDEOKWU:** Ị chekorịta echi che na ibe ya megidere onwe enye aka ime ka okwu nwee ụda ma gaa werewere n'ọnụ na mkpọpụta.

## IHE ỌMỤMỤ:

Chọta ma deputa otu ọmụmaatụ Bịambịamgbochi, otu ọmụmaatụ. Egbeokwu na otu ọmụmaatụ okwunhagde. Ị gaghị ewebata atụ ndị a maarala

n'ihe ọmụmụ a.

## NCHỊKỌTA:

Ihe ndị a ọkpụrụkpụ isiokwu ndị anyị rụtụrụla aka n'ihe ọmụmụ a.

i. Anyị kọwara na Bịambịamgbochi bụ ọbibịa ụda sitere n'iwebata otu ụdị mgbochiume na-abịa ọtụtụ ugboro n'ahịrịokwu iji nye ihe a na-ekwu ụda pụrụ

iche. Anyị nyere ọmụmaatụ nke a weekwuo na ọ na-enye aka ime ka ihe a na-agu an-aga werewere n'ọnụ ,ma dikwa ụtọ igere na ntị.

ii. Anyi kwukwara na Egbeokwu na-eme ka a hụ ihe karia ma ọ bụ pekarịa mpe ahụ ha n'ezie. Anyị nyekwara ọmụmaatụ ma kọwaakwa uru nke a bara n'asusụ Igbo.

iii. Nhagideokwu ka anyị kowara di ka atụmatụ okwu na-eche echiche abụọ megidere onwe ha ihu n' ihu iji wee kọwapụta ihe a na-ekwu maka ya.Ọrụ ya bụ ime ka e chemie echie ime gbasara ihe a na-ekwu.

## NNWALE:

Zaa ajụjụ ndị a:

i. Gịnị bụ Bịambịamgbochi?

ii. Gịnị bụ ebgbeokwu?"

iii. Gịnị bụ Nhagideokwu?

iv. Nye otu ọmụmaatụ Egbeokwu na otu ọmụmaatụ Nhagideokwu.

v. Olee otu uru Bịambiamgbochi bara n'asụsụ Igbo?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 4: Ikọwapụta Ihe Igbuokwu, Mbụrụ Na Myiri Putara na Inye Ọmụmaatu nke ọ bụla n’ime ha.

## MMALITE:

Anyị ka na-aga n’ihe ọmụmụ gbasara atụmatụ okwu. N’ihe ọmụmụ anyị na yunit gara aga ,anyị lebara anya na Bịambịamgbochi, Egbeokwu na Nhagideokwu.Kọọrọ onys ọzọ ihe ndị i chetara gbasara atụmatụ okwu ndị a. Ugbu a anyị ga-amu maka atụmatụ okwu ndị a.-Igbuduokwu, Mbụrụ Na Myiri. Anyị ga-achọpụta ihe bụ ma nyekwa ọmụmaatụ ha.

i. **Igbuduokwu:** Nke a bụ atụmatụ okwu nke na-esite n’idị na-ekwu otu ihe ma buru ihe ọzọ n’obi wee na-arụtụ aka n’ihe ọ na-ekwu.

**Ọmụmaatụ:**

a. I buru ite ahụ garuo mmiri, tiwaa ya n’ụzọ.

b. Tachaa azụ ahụ a tụrụ gị n’ahia ma i gote ya.

ii. Mbụrụ : Atụmatụ okwu a bụ nke na-esite n’isi na ihe dị otu a bụ ihe dị otu a wee na-akọwapụta ka ihe ọ na-ekwu maka ya dị.

**Ọmuụmaatụ**: a. Ike bu ezi.

b. Nwata ahụ bụ ejula.

iii. Myiri: Atụmatụ okwu a bụ nke na-esite n’ịsị na ihedị otu a dịkwa otu a wee na-akọwa ka ihe ọ na-ekwu maka ya di.

**Ọmụmaatụ** a. Afọ nwaanyi ahụ dị ka ite.

b. Ada dị ka nne ya.

**Mbunuche**: Na ngwucha ihe omumu a, I ga-enwe ike;

i. Ikowa ihe Igbbuduokwu,mbburu na myiri putara.
ii. Inye omumaatu nke o bula n’ime ha
iii. Ikọwa ọrọ atọma okwu ndị a na-aru n’asụsụ Igbo

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

Ị ga-ebugodu ụzọ taihe bụ ikgbuduokwụ, nkuzi na ọmụmaatụ ya dị Iche iche site n’’ịgu ihe e nyere gi “gbasara ya” . E mechaa nke a, ị ga-amatakwa ihe bu Mbụrụ ma nyekwa ọmumaatụ ya . Nke ato ,ị ga-achọpụtakwa ihe bụMyiri naihe ndị a ga-eji maa atu ya.

N’ikpeazu, Igachoputa oru atumatu okwu ato ndi a na-arụ n’asụsụ Igbo.Gbaa mbọ zaa ajụjụ niile a jụrụ gịna yinit a.

Lee ka e si akpọputa atuatu okwu atụ ndị a site n’akara ụdaolu ha:

i. Igbuduokwu ii. Mburu iii. Myiri

Ị ga-akọpụta okwu ndị a ugboro site n’akara ụdaolu e tinyechara na ha.

## IHE ỌMỤMỤ:

N’ihe ọmụmụ a, anyị ga-elebazi omumaatu ndi ahu anyi nyere gbasara atumatu okwu ato ndi a ma kowaputa n’uju ihe nke o bula putara.

i Igbuduokwu: a. I buru ite ahụ garuo mmiri, tiwaa ya n’ụzọ

ihe nke a pụtara bụ ịhụ na I tiwaghị ite ahụ n’ụzọ ma i buru ya.

b. Tachaa azụ ahụ a tụrụ gị n’ahịa ma ị zuta ya pụtara ‘hụkwa na ị tachaghị azụ ahụ a tụrụ gị na’hịa ma ị zụta ya.

ii. Mburu : a. Ike bu ezi pụtara na ịke bụ onye na-eru inyi.

b. Nwata ahụ bu ejula pụtara na nwata ahu

Jụrụ oyi adịghị garagara

(ọ dịghị aga ozi ọsọ ọsọ).

iii. Myiri: a. Afọ nwaanyị ahu dị ka ite putara na afo nwaanyi

ahụ buru nnukwu ibụ.

b. Ada dị ka nne ya pụtara na ada yiri nne ya

Uru Igbuduokwu bara n’asụsị Igbo bụ na ọ na’esite n’ikwugide ihe e bu

n’uche wee na-eme ka ofeke ghara ịmata ihe e kwunu. Nke a bu otu ụzọ e si eme ka asusu dị ugwu ma maa mma. A bịa na Mbụrụ na Ndịka,ha na-esite n’ụzọ iji ihe wee tunyere ihe wee mee

Ka a ghota nke ọma ihe a na-ekwu maka ya. Ọ bukwa ụzọ e si acho asụsụ mma ma Meekwa ka ọ dị ugwu.

## IHE OMUME:

i. Chọpụta ma deputa otu ọmụmaatụ iggụduokwụ, otu ọmụmaatụ Mbụrụ na otu ọmụmaatụ Myiri ma nye nkọwa nke ọ bụla. Ewekwala ndị e jirila maa atụ ebe a.
ii. site n’akwukwo agụmagụ gị chọpụta ma depụta ahịrịokwu ndị pụtara mbụrụ

**NCHỊKỌTA:**

Na nchịkọta, anyị kọwara Igbuduokwu dị ka atumatu okwu nke na-esiten'iburu otu ihe n'uche ma na-ekwu ihe ọzọ wee ka ofeke ghọtahieihe a na-ekwu. Otu aka ahụ ,anyị kọwapụtara mbụrụ dị ka atụmatụ okwu nke na-esite n'ikwu na otu ihe dị otu a wee na-ama atụ ka ihe ahụ ọ na-ekwu maka ya yiri.Anyị gakwara n'ihu wee kọwapụta na atụmatụ okwu ndị a na –enye aka iwulite na ịcho asụsụ Igbo mma.

**NNWALE:**

Zaa ajụjụ ndị a:

i. kọwaa ihe Igbuduokwu bụ
ii. Gịnị bụ mbụrụ?
iii. Gịnị bụ Myiri?
iv. Kọwaa ndịiche dị n'titi Mbụrụ na Myiri
v. Olee otu ọrụ atụmatụ okwu atọ ndị a na-arụ n'asụsụ Igbo?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

## Yunit 5: Ịkọwapụta Ihe Mmemmadụ Na Enyookwu Pụtara Na Inye Ọmụmaatụ Ha.

## MMALITE:

N’ihe ọmụmụ yunit 4, anyị lebara anya n’atụmatụ okwụ atu ndi gunyere. Igbuduokwu, Mburu na Nyiri. Na yunit nke a, anyi ga-eleba anya n’atumatu okwu bụ.Mmemmadụ na Enyookwu site n’ịkọwapụta ihe ha bụ, inye omumaatu nke ọ bụla n’ime ha na ikowa oru ha na-aru n’okwu ma ok bu n’asusu Igbo. Ma tutu anyị amalite ime nke a, gaa n’akwukwọ agụmagụ a họpụtarara ka ị gụọ,chọpụta maa dupụta mbụrụ abụọ na sitere n’ahịrịokwu dịga n’akwụkwọ agụmagụ ahụ.

i. Mmemmadụ: Nke a bụ atụmatụ okwu nke na-asite n’inye ihe na-abụghị mmadụ ọnọdụ dị ka ọ bụ mmadụ we na-eme ka anyị jirị anyauche anyị na-ahụ ihe a na-akọwa.

## ỌMỤMAATỤ:

i. Agụụ pịara ndị ọrụ ahụ ụtarị.

ii. Ukọ nri arịgorolo elu ụjị ma ọ chọkwaghị nrida.

iii. Enyookwu: Nke a bụ atụmatụ ọkwụ nke na-ahu ihe ahu o na-akowa ya ọ bụrụ enyo nke a na-esite na ya wee na-ahu ihe ọ na-akọwa ma ọ bụ ọ na-ekwu maka ya.

**Omumaatu:**

i. Azụ asa ahụ biara ebe a bụ Adama

ii. Ọ na-ehụ ka mmiri ma ọ na-aga ije.

iii. Mmiri ọma ụtụtụ ahụ bụ nwunye eze.

## MBUNUUCHE:

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a ị ga –enwe ike.

i. Ịkọwa ihe Mmemmadụ na Enyookwu pụtara.

ii. Inye ọmụmaatụ nke ọ bụla n’ime ha.

iii. Ịkọwa ọrụ atụmatụ okwu ndị a na-arụ n’asụsụ Igbo.

## USORO ỌMỤMỤ YUNIT A:

i. Ịga-ahụ na ị jiri nwayọọ gụda nke ọma ihe ndị a chọrọ ka ị mụọ na yunit a

ii. Gbasoo usoro e jiri wee kụziere gị ya wee na-amụ ya,ya bụ ị ga-eburugodu ụzọ lebaa anya n’ihe niile gbarasa Mmennadụ na ọmụmaatụ niile e nyere na ya.I mechaa nke a, ị malitezie lebaawa anya n’Enyookwu na ọmụmaatụ niile a mara na ya.

iii. Gbaa mbọ hụ na ị chọtara ma nykewa ọmụmaatu nke aka gi. Detu o

ọmụmaatị ndị a n’akwụkwọ ma juo onye nkuzi gi ma ha dabakwara adaba.

iv. Hu na ị zara ajụjụ niile gị n’agaghị burugoodu ụzọ lewe anya n’azịza ndị e nyere gị. Ọ bụ mgbe ị zachaara nke aka gị ka ga-agzie tulekorịte ya na azịza a zara gi gbaasara ya bu yunit.

**NKỌWA OKWU:**

A kọwaarala gị okwu abụọ bụ okwụ ohụrụ n’ihe omumu a. Ha bu

Mmemmadụ na Enyookwu. Nebe a okwerịsịrị ka ị soro akara ụdaolu e tinyere na ha wee mata ka e si akpọpụta ha dị ka Mmemmadụ; Enyookwu.

**IHE ỌMỤMỤ:**

N’ebe a,a ga-ewebata ọmụmaatụ niile e nyere na mmalite yunit a, gbasara Mmemmadụ na Enyookwu ma kọwapụta nke ọma , ka ha dị ọrụ ha na-arụ n’asụsụ Igbo.

i. Mmemmadụ:

i. Agụụ piara ndị ọrụ ahụ ụterị.
N’ebe a,anyị matara na agụụ abụghi mmadu mana a siri na o piara ndi orụ ụteri di kaz mmadu ebe a.

Nkowa mmemmadu a bun a agụụ gụrụ ndị orụ ahụ nke ukwu.

ii. Ọnụ ahia ihe oriri irigoro elu ọjị ma jụkwa nrida. be a ọnụ ahia ihe oriri abụghi mmadụ ma na e nyere ya ikike dị ka mmadụ o wee nwee ikike ịrịgoro elu ojị ma jukwa nrida. ọ pụtara bụ na ihe ọrirị dị oke ọnụ ahia a ọ kweghị mgbadata. Ọru Mmemmadọ n’asụsụ Igbo bụ na ọ na-enyere anyị aka isite n’anya echiche anyị hu ihe ahụ a na-ekwu n’uju ya. N’ụzọ dị ọtụ a, ọ na-eme ka asụsụ kaa akaa, dị ebube maa maa.

iii **ENYOOKWU**..

i. Azụ asa ahụ bịara ebe a bụ Adamma. N’ebe a , ejiri azụ asa nke anyị na-ewe n’ihe mara mma wee mepụta e nyo anyị ji ahụ nwagbọghọ abụ Adama. Ihe nke a pụtara bụ na aha nwaagbọghọ a mma zuru ahụ biara ebe a bụ Adama.

ii. Ọ na-ehu ka mmiri ma ọ na-aga ije. N’ebe a, e sitere na mmiri na-ehu ehu,wee zipụta enyo nke a ga-esite nay a wee hụ ka onye a na-ekwu maka ya si aga ije. Ihe nke a pụtara bụ na onye a na-ekwu maka ya na-aga ije ya Nwayọọ nwayọọ n’ebube.

ii. Mmiri ọnụ ụtụtụ ahụ bụ nwunye eze.N’ebe a, sitree na mmiri ọnụ ụtụtụ nke anyi matara na ọ bụ ihe mara mma, wee mara onye nke anyị na-esite nay a wee na-ahu ka nwynye eze dị.Ihe nke a
pụtara bụ a nwaanyi ahu mma ya na-enweghi atụ bụ nwunye eze. Ọrụ atụmatụ okwu a na-arụ n’asụsụ bụ na ọ na-eme ka anyị na-ahu ihe ma ọ bụ mata ka ihe ka ihe ahu dị site n’ihe ọzọ nke bu enyo o esitere nay a wee gosipụta ihe ahu.Ọ na-enyere anyị aka isite n’anya echichewee hụtachaa ka ihe ahụ dị n’ụjụ ya.N’ụzọ ọtụ a,ọ na-eme ka asụsụ kaa akaa, dị ebube mma mma.

**IHE OMUME:**

i Chọpụta ma depụta otụ ọmụmaatụ gbasara mmemmadụna otuọmụmaatụ gbasara Enyookwu n'abụghịndi e jirila maa atụ nay unit a.

ii Kowaa ọmụmaatụ nke ọ bụla dị ka e siri kọwara gị ya na yunit a.

**NCHỊKỌTA**

Na yunit a, anyị kọwara mmemmadu dị ka inye ihe na-abughị mmadụ Ọnọdu ka mmadụ nke na-enye ya ikike ikpa agwa ka mmadụ.Anyị nyere ọmụmmatu ole na ole iji wee kọwapụta nke a, ma rụtụkwa aka n'ọrụ udị atụmatụ okwu a na-arụ n'asụsụ Igbo. Otu aka ahụ kwa, anyị kọwara Enyookwu dị ka isite n'otu ihe wee mere enyo nke a na-esite nay a wee na-ahụ ma ọ bụ mata ihe ọzọ ma ọ bụ ka ihe ahụ di. N'ịkọwapụta nke a nke ọma ,anyị nyekwara ọmụmutụ ole na ole nke anyị sịtere na ha wee kọwapụta mpụtara ahịrịokwu ndị a e jiri wee maa atu.Anyị kọwapụtakwara ọrụ atụmatụ okwu a na'arụ n' asụsụ Igbo.

**NNWALE:**

Zaa ajụjụ ndị a:

i. Kọwaa ihe bụ Mmemmadụ
ii. Gịnị bụ Enyookwu?
iii. Olee ọrụ atumatụ okwu abụọ ndị a na-arụ n'asụsụ Igbo?
iv. Nye otu ndịiche dị n'etiti Mmemmadụ na Enyookwu.
v. Nye otu myiri dị n'etiti Mmemmadụ na Enyookwu.

## AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.

## EDENSIBỊA:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 6: Ihe Nkwuma, Nkwusara, Ucheada Na Ụdaụda pụtara Na Inye Ọmụmaatụ Ha:

## MMALITE:

Ọtụtụ oge ndị Igbo na-esi n' ụzụ dị anaa were ekwwu okwụ. Mgbe ụfọdụ

ha kwuo okwu. onye a gwara ma ọ bu onye nụrụ ya echewegodu echiche ka ọ

mara ihe okwu ahụ pụtara. Mana o nwere ndị riri amosu na nghọta ọkwụ dị ọtụ ahụ

Mmadu nwere ike ikwu otụ a:

a. Ọ lakwurula nna ya.

b. Ala e deela ya.

ch. Mmanya ahụ na-atọka bịrịbirị.

d Isi akwu ahụ dara gbim n' ala.

e. Chukwu Nna, nyere anyị aka.

Site n' ahiriokwu ndị a e depụtara o doro anya na ndị Igbo nwere ike ikwu

ọkwụ n' ụzọ adịghị larịị, ọ bụrụ okwu chọrọ nchemi echiche maka nghọta ya. Ya mere o ji mkpa na anyị ga-eleba anya n' atụmatụ okwu ndi a: nkwuma, nkwusara, ucheụda na ụdaụda. Anyi ga-ahụ ihe ha pụtara na ọmụmaatụ ha.

## MBUNUUCHE:

Na ngwụha ihe ọmụmụ a, a na-atu anya na ị ga-ewe ike.

1. kọwaa ihe bụ nkwụma, nkwụsara ucheụda na ụdaụda.

2. nye ọmụmaatụ nkụma, nkwusara, ucheụda na udeụda,

3. idepụta ahịrịokwu ole na ole nwere nkwuma, nkwusara, ucheuda na ụdaụda.

### USORO ỌMỤMỤ YUNIT:

Gbaa mbọ n' ihe ọmụmụ a gụọ ihe niile e dere nay a. Hụ na ị mere ihe omume niile dị na ya.

### IHE ỌMỤMỤ

### NKWUMA:

Gịnị bụ nkwuma?

Nkwuma bụ atụmatụ okwu ndi Igbo ji ekwu mgbe ha chọrọ iji ụzọ

adịghị zịzịrịrị wee gwa mmadu okwu. Ndị mmadụ ụfọ na-akpọ ya ọjị ịsọ anya akọwa, di n' Emenanjo (1981).

Ọ bụ mgbe a chọrọ iji ịsọ anya wee kwuputa ihe mmadụ bụ n' ọbị ọ chọrọ ka onye ọzọ maara nrosa dị n' atụmatụ okwu ghọta. Ọ na-ụzọ nka akọwapta ihe adịchaghị mma ma ọ bụ ihe na-ewute mman' obi. O nwekwara ike ịbụ ihe na-ebute ihere n' ihu mmadụ.

E nwekwara ike iji ụzọ na-atọ ụtọ n antị were na-akọwa dị njọ na

ntị. Mgbe ụfọdụ ọ na-abụkarị mgbe okwu bịara sie ike ikwupụta maka ọ nwere ike imebi ihe ma e kwuo ya, mbe ahu e si ụzọ nka ma ọ bụ ịsọ anya kwupụta ya. Onye a gwara okwu n'ụzọ dị otu ahụ agaghị akụja ọsịịsọ ma ọ bụ wee oke iwe osiiso. Tupu onye ahụ ewee oke iwe, e medaala ya obi. Ya mere na okwu ahụ na-

Ọ naghị adị nma.

1. Nwa ahụ ị na-ele anya ọjị ụwa a

2. Ọ na-edowere gị ihe gị nke ọma ma ị doweghị ya nke ọma.

3. Nwa ya achịpụtala ya ụkwụ

4. Ahụhụ ọ tara amaala afọ n'ala

5. Ọ buru ọkụkọ ụzọ laptapuo.

N' ahịrịokwu ndị a, anyị na-aghọta na ihe a na-ekwu bido na nọmba 1 ruo na 5 bụ ihe ndi a:

1. Nwa ahụ o teela a mụrụ ya ma ọ bụ na nwa ahu akaala nka.

2. Ọ bụ onye ohi.

3. Nwa ya arapụtaala ya.

4. Ahụhụ ọ tara alaala n' iyi.

5. Ọ nwuụọla.

Ị hụla na uaoro oji kwuo ndi nke mbu ruo na 5 ka mma n antị karia usoroe ji kwuo ndị nke abụọ ruo 5. Nke a pụtara na nkwuma dị mma iji gwa mmadụ okwu ka e wee jide obi ilu ya.

**IHE OMUMU:**

Gụọ atụmatuụ okwu ndị a kwuo nke bụ nkwuma:

1. Okeke ajụla nri

2. Ikechukwu eribeghị nri

3. Ọ bụlaala akwụkwọ

4. Ọ bụ akwụkwọ ọ ga-agụ

5. Akịdị ya anaghị epu ome

6. Ọ kụrụ akịdị n'ugbo ya.

**NKWUSARA.**

Gịnị bụ nkwusara?

Nkwusara bụ okwu a na-agwa onye ma ọ bụ ihe a naghị ahụ anya. A na-agwa onye ahụ okwu ka a ga-asị na a na-ahụ ya anya, Ọ na-anụ ihe a na-ekwu. Ọ nwere ike ịbụ nwere ike ma ọ bụ ikike pụrụ, iche, a na-akpọku ya ka ọ bịa zọpụta ma ọ bụ nyeere onye chọrọ nnyemaaka aka dị ka:

1. Chinkeke, gịnị m mere?

2. Oseburuwa bịa nyere anyi aka.

3. Aja umuagama na ala Enugu Ezike bikonụ chekwaba anyị.

4. Chukwu Nna, biko zọpụta m.

Nkwusara nwekwararị ike na-ekwu maka ihe na –eme ụmụ mmadụ ihe ọjọọ ma ọ bụ ihe ike imesi mmadụ ike ma ọ bụ ikwusara onye nọ na nsogbu.

1. Ekwensu, ike gị adaala.

2. Ajọ mmụọ, biko hapụ ya aka.

3. Ọnwụ, gịnị ka anyị mere gị?

4. Nna anyị, Udeọgụ otu ọnwụ si were gị, dara anyị mberede. Otu o sila dị,

chetakwa anyị ebe na ebe ị nọla. Azụ gị, ga-adị mma. Anyị ga na-echeta gị n' ekpere.Laa n' udo zuru ike na ndokwa. Na ọmụmaatụ nke mbụ bido na ii ruo 4, anyi na-arịọ Ike enyemaaka ya maka ihw ọma. Mana na nke abụọ na 1 ruo na 4, anyị na-arịo ka anyị were onwe anyị n' aka ike ọjọọ na- emesi ụmụ mmadụ ike.

**IHE OMUME I**

Were okwu ndị a mee ahịrịokwu nkwusara:

1 Ụlọ akwụkwọ anyị

2 Ule TCII

3 Okporo ụzọ

4. Eke Ozii

**GAA NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ KA INWETA ỌSỌSA**

**AJUJU NDI A.**

**UCHEỤDA:**

Gịnị bụ Ucheụda?

Ucheụda bụ atụmatụ okwu na-enye ụda e ji uche aghọta. Ọ bụ ụda a

**OMỤMAATU III:**

1. Ọ na-eti anya vam vam.

2 Ọkụ ya na-aga zaaaa.

3. Mmanya ahụ na-atọ bịrịbịrị.

4. Ụkwu na-aga wam awam, anya na ele zamzam na-ahụ ya.

N'ọmụmatụ ndị a 1 ruo 4, o doro anya na ihe ndị a akpọrọ aha ebe a anaghị eme ụda a na-anụ ntị. Ụda ndị a bụ ụda e ji uche ama.

**IHE OMUME III:**

Were uche ụda ndị a mepụta ahịrịokwu n'otu n'otu.

1 gịrịgịrị

2 fịrịfịrị

3. kọtọkọtọ

4. pịatapịata

**ỤDAỤDA:**

Gịnị bụ ụdaụda?

Ụdaụda bụ atụmatụ okwu na-eji ụda a na-anụ na ntị akọwa ihe mere ya. Ọ na-ebụ mkpọtụ. A nụ mkpọta ma ọ bụ ụda ahụ, onye nụrụ ya nwere ike ikwu ozigbo ihe mere ya bụ ụda. O nwere ike ịbụ mbe osisi dara, ụlọ dara, ukwa dara, ugbọala dara ma ọ bụ suru, mmadụ dara ada, dgz. Ozigbo a nụrụ ụda ahụ,a gbara gawa ebe ahụ ka a mara ma ọ nwere ihe a ga-azọpụta ma ọ bụ atuta.

**ỌMỤMAATỤ:**

1. Isi akwụ dara gbim n' ụtụụụ.

2. Ụgbọla ahụ suru osisi gwoo

3. Osisi ahụ dara wuuuu n’ ala

4. akpụkpọ ụkwụ ya na-ada kọikọikọikọị n’ala.

Ọ mụmaatụ ndị a na-egosị na anyị nụ ụda ndị a, anyị elewe anya ma ọ bụ gawa ebe o si. Anyị sikwa n’ ụda amata ihe mere ya.

**IHE OMUME IV:**

Were ụdaụda ndị a mepụta amepụta ahịrịokwu n’otu n’otu:

1. kpawaram kpawaram
2. gbogoo gbogoo gbogoo
3. gwim gwim gwim
4. kigbaaa

**NCHỊKỌTA:**

Na yunit 9, ihe ị mụrụ bụ:

- nkọwa ihe bụ nkwuma, nkwusara, ucheụda na ụdaụda.
- ọmụmaatụ ahịrị okwu nwere nkwuma, nkwusara, ucheụda na ụdaụda.
- Ihe dị iche na ha dum.

**NNWALE:**

1. Gịnị bụ nkwuma?
2. depụta ọmụmaatụ abụọ na-egosị nkwuma na nkwusara.
3. were ọmụmaatụ gosị ihe dị iche na ucheụda na ụdaụda.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**

Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 7: Ihe aghọtaazaa Pụtara Na Ihe Ndị Dị Mkpa N'aghọtaazaa:

## MMALITE:

Ama m na ị gụọla edemde dị iche iche na mbụ. Edemede ndị a nwere ike ịbụ n'ụdị akụkọ ihe mere eme ma ọ bụ ihe emeghi eme. Okwesiri na mgbe ịgọghaịrị ihe ndị a, ihe ị ga-ajụ onwe gị bụ.

a. Gịnị ka m ghọtara n'edemede a?

b. Gịnị bụ isiokwu edemede a?

ch. Kedụ ihe edemedea na-akọ maka ya?

d kedụ ndị ma ọ bụ ihe a kpọgasịrị aha n' edemede a?

Mgbe anyị merela ihe di otu a maka edemede ọ bụla anyị agụrụ ihe anyị na-eme bu AGHỌTAAZAA. AGHỌTAAZAA ka anyị ga-eleru anya na yunit a

**MBUNUUCHE:**

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a' a na-atụ anya na ị ga-enwe ike:

1. kowaa ihe bụ aghọtaazaa.
2. mata ihe dị mkpa n' aghotaazaa
3. zaa ajụjụ dị n'aghọtaazaa.

## USORO ỌMỤME YUNIT:

N'ihe ọmụmụ a, gbaa mbọ hụ na ị anya na ị gụrụ ihe niile e depụtara nay a ma zaakwa ajụjụ so ya.

**IHE ỌMỤMỤ:**

Gịnị bụ aghọtaaza?

Aghotaazaa bụ nkenke edemede hiri aka n' anya depụta gbasara ihe mere eme ma ọ bu ihe emeghị eme ma e bukwanu ihe nwere ike ime eme n' udị edemede Nkiti ma ọ bụ abụ iji nwalee nghọta ọsịịso nke ọgụụ nwere.

**URU AGHỌTAAZAA BARA MA Ọ BỤ IHE DỊ NKPA N'AGHỌTAAZA** Aghọtaazaa dị mkpa n'ihi ihe ndị a.

1. Eji ya a chọpụta ka ogụụ sị aghọta ihe ọsịịisọ.

2. Eji ya chọpụta ka ọgụụ sị aghọta ilu, akpalakokwu na atụmatụ okwu.

3. Ọ na-enye aka ikuziri mmadụ etu e si agụ ederede ọsịisọ ma tinye

   Uchu na nghọta ihe ọ na-akọ:

4. Ọ na-enye aka n’ ịzụlite ụbụrụ na itinye echiche n’ otu ihe n’ otu mgbe.

5. Ọ na-enye aka imata nka dị n-ịza ajụjụ.

6. A na-esi n’ akukọ ya amụta ihe dị mma anyị kwesịrị ịnọmi na ihe Adịbghị mma anyị kwesịrị izere na ndụ anyị.

7. akụkọ ya nwere ike inyi anụrị mgbe ụfọdụ ma ọ bụ obi mwute mgbe ụfọdụ kwa.

## IHE OMUME 1:

a nkenke, zaa ajụjụ ndị a:

1. Kwwuo ihe I ghọtara bụ aghọtaazaa.

2. Kedu uzo ihe abuo dị mkpa maka aghọtaazaa?

3. Guo ederede a ma zaa ajụjụ na-eso ya.“Tagzi”

Ka tagzi Kwụsịrị, ebe ọzọ m hụrụ onwe m bụ n’ opa Iweka. Oziugbo ahụ m hụ otu ogologo ụgbọala bọọs nke na-aga Owere. Esoro m ndị ọzọ were ọsọ gbaruo ka anyị bọọs ahụ mana otu nwoke dị ka kọndọkụtọ kwụ ebe ahụ na-achughachi anyị azụ, ma na-asị anyị gawa n’ ụgbọ ọzọ ọ na-atụru anyi.Aka. O gụrụ anyị ọnu ozugbo wee sị na anyị bụrụ ibu. N’ ezie anyị dị ọtụtụ. Ozugbo anyị ruru n’ ugbọala ahu, ị nu kitikitikitikiti ka ọna-ese okwu. Aghọtara m na ka anyị ha, ga- anye aka ka ụgbọala ahụ jụ ọsọọsọ.Agbalịrị m were ike m gaa were oche n’ azụ. Otu nwoke no n’ akụkụ m dị ka onye ọrụ Bekee n’ ihi ụdị uwe o ti otu ekpem n’ aka na-anụrụwa ya ntakịrị ntakịrị .ọ nutụ mmanya ya ahụ, ọ kụọ ire ya kpem iji gosị ka o si ato ya. ọ dunoro, tisaaonwe ya n’ ụdị na ọ chọghị onye ọzọ ga-abịa mekpaa ya ahụ n’ oche ahụ.

Onye ọzọ nọ m n’ ihụ bụ otu nwoke merela nwa okenye. Nwoke a ti uwe

Nkịtị ma dị ka onye recharala ahịa wee chọọ ịla ọ gaa zuoro ụwa ya ike ụbọchị. Ọdịghị ihe ọ bụla ọ ji n’ aka. O kwughị okwu, ọ dịghị ihe ọ na-eri. N’azụ m ka m

hụrụ otu nwoke dị ocha. Nwoke a nọ nnọọ ebe a na-ahuta ya nke oma. O bụ otu ochie akpa n’ aka. O yi akwamara mma bụ akwa ndị Bekee.O nye nke ọzọ nọ n’ ụgbọ ahụ gara n’ azụ oche jee nọdụru onwe ya.

Tupu anyị anọtụ nwa obere oge, otu nwoke wee kpara akwukwo bịa sị ka,.anyịqnyị nye ya ego ka o dokanye anyị akwụkwọ. Ojuwara anyị ozigbo n’ otu n’ otu ebe anyị na-aga. otu onye sị nay a na-aga Mgbidi, onye ọzọ Ihiala, mụ onwe m. Owere tinyere mmadụ abụọ sị na ha na-aga. Ka o dọkatara mpempe akwụkwọ .Chee m n’ ihụ sị m weta ego; abara m oke mba sị ya wepụ ihe ahụ m, ma jụọ. Ya ma anyị na-agba ọsọ ọ jighị kwe ka anyị nọrọ ọdụ. Ka ndị ọzọ tinyere ọnụ Kwadoro m, anyị dum na nwoke ahụ bị a kpọtụwa. Nwa obere oge, onye nke nọ N’ ihu ụgbọ manyere aka wepụta ego nye ya. Oju, si ya jidegodu ego ya na-agaghi ewe ego onye na-aga Mmgbidi ozigboKa m juru ya ego ole m ga-akkwu wee ruo

Owere, ọ gwara m na ọ bụ nari naịra. Ozugbo ahụ, nwoke nke nọ n' akụkụ m wee Kwado ya sị na ọ dị mma, na ọ ihe a na-akwụ wee ruo Owere. Atụghị m anya. Na ọ ga-etinye ọnụ n'okwu ahụ Ihụ ọ kwuru were miwe nke ukwuu m wee

Were iwe baara ya mba, sị ya ya enyelara m aka ọzọ. Mgbe ahụ ka m ghọtabara na Agwọ dị n' akịrịka Ọ bụghịkwa ndi mụ na ha sọ alu ọgụ.

**ZAA AJỤJỤNDIA:**

1 Kedụ ụdị atụmatụ okwu mkpụrụ okwu ndị a bụ?

a. Kitkitikitikiti

b. kpam

2. Kedụ ihe kpatara kitikitikiti ji daa n' ebe ahụ?

3 Mmadụ ole nọ n' ugbọala ahụ?

4 Gịnị bụ iwe ọkọ akụkọ mgbe ọ na-aba mba?

5. Kedụ echiche okọ akụkọ mgbe ọ sị "ọ bughikwa ndi m na ha so jee ọgụ ka mụ na ha so alụ ọgụ?

**NNWALE:**

Gụnwoo ederede ahụ ọzọ ma zaakwa ajụjụ ndị a:

1. Kedụ ka onye kọrọ akụkọ sị ru ebe ọ bara ụgbọ na-aga Owere?

2. Mmadụ ole na-aga njem n' ụgbọ ala ahụ?

3. Kedụ onye ọkọ akụkọ baara mba?

4. Kedụ ihe kpatara kọndọkụtọ jị jụ inara onye nọ n' ihu ego?

Kọwaa okwu ndị a:

A Agwọ nọ n' akịrịka

b. Ọ bụghịkwa ndị mụ na ha so jee ọgụ ka mụ na ha so alụ ọgụ.

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 8: Ihe Mgbakwasa Ụkwụ Maka Aghọtaazaa Na Ịgụ Ihe a Mapụtara maka Aghọtaazaa Na Ịza Ajụjụ sị na ya.

## MMALITE

Oge gara aga anyị lebara anya n'ihe bụ aghọtaazaa na ihe dị mkpa

N'aghọtaazaa. Taa anyị ga-eleba anya n'ihe a ga-agbakwasa ụkwụ wee nwee ike ịg ụ aghotaazaa ma zaakwa ajụjụ na-eso ya.

**MBUNUUCHE:**

Ha ngwụcha ihe ọmụmụ a, a na-atụ anya na ị ga-enwe ike.

1. chọpụta ihe a na-agbakwasị ụkwụ were agụ aghọtaazaa
2. nwee mmasị n' ịgụ aghọtaazaa.
3. zaa ajụjụ gị n' aghọtaazaa.

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT:**

Gụọ ihe ntụziaka niile edere na yunit a. Gbaakwa mbọ zaa ajụjụ niile a jụrụ gị na ya

**IHE ỌMỤMỤ:**

**IHE MGBAKWASA ỤKWỤ MAKA ỊGỤ AGỌTAAZAA:**

Iji hụ na ị zatara ajụjụ a jụrụ gị maka aghọtaazaa ọ bụla, ihe ndị a ka

ị ga-eme.

1. Burụ ụzọ gụọ aghọtaazaa ahụ ọsịịsọ ka ị ma echiche ọ bụ isiokwu ya. Na nke mbụ a, e nyela nsogbu ichebe maka okwu ụfọdụ tara akpụ dị ilu, akpaalaokwu atụmatụ okwu dị na ya.

2. Werekwa ederede ahụ ọzọ gugharịa. Ugbu a, ị ga-agba mbọ na akanye ihe n'okpuru okwu ndị ahụ taara gị akpụ dị ka ilu, akpaala okwu, akpaalaokwu, atụmatụ okwu na ndị ọzọ. Ka ị na-eme nke a,na- e chenyerekwu ha ị mara ma ị ga-aghọta ihe ha na ekwu.

3 Ugbu a, gaa gụọ ajụjụ maka aghọtaazaa ahụ. ị guchaa ya, gazie gụọ ederede ahụ nke ugboro atọ ma jiri ọdụ anya gị ma ọ bụ

4 ugbu a, werezie ajụjụ ndị ahụ zawa n' otu n' otu.

5. Ị zara ajụjụ gị, mee ihe a gwara gị kpọmkwem. Were okwu aka gị zaa ya bụ ajụjụ. E dela ogologo akụka. E tinyela,ewepụla.ahịrịoku gị ga-abụ nke chara acha. Ọ bụrụ ajụjụ chọrọ otu azịza dee otu azịza ahụ. Ọ bụrụ nke chọrọ karịa otu azịza, mee etu e siri chọọ. E gbula oge. A lala okwu n iyi.

6. maka ilu na akpaalaokwu: A sị gị kọwaa ilu ma ọ bụ akpaalaokwụ, ihe a chọrọ n’ aka gị bụ.

   a. kọwaa ya na nkọwu: nkịtị. Ya bụ were okwu aka gị kọwaa ya.

      E jikwala ilu ọzọ kọwaa ya bee lụsọ ma I ji nkọwa nkịtị kọwachaa ya.

   b. Kọọ otu akụkọ dị ezigbo mkpirisi iji wee kowa gị, ma ohre dị.

   ch. Were ilu ọzọ ma ọ bụ akpaalaokwu ọzọ wee kwadọ nkowa gị iji gosị na I maara ihe ị na-eme, ma ohere dị.

7. Tupu ị piachie, gụgharịa ihe i dere.

**IHE OMUME I:**

Gụọ edere a nke ọma ma saa ajụjụ sọ ya. Ọ bụghị naanị na Obiakọ dara ngana, kama ọ bụ ọchọ ihe ukwu. Naani echiche ukwu ka ọ na-eche . Mgbe niile, uche ya na-aga n’inwe akụ na ụ ba n’ebe ọ dị ukwuụ. Ọtụtụ mgbe, ọ na-orụ som n’ime obi ya ka ọkọkọ na ewu ya siri jupụta otu nnukwu ụlọ. Mgbe ụfọdụ ọ nọrọ ebe ọ na-eche ihe ndị a ọ rahu ụra miri emi ruo mgbe mmadụ na-agafe n’ụzọ metee ya.

N’agbanyighi na Obiokọ bụ onye umengwu, ndị obodo hụrụ ya n’anya n’ ihi na ọ bụ nwata na-ekwu eziokwu. Otu ụbọchị ka ọ na-arị akụ bekee n’akụkụ Mmirị, ọ zọdora nkụ anọ ndị kpọrọ akpọ n’anaghị ama. Kama ịhapụ ya n’ohịa ebe ahụ n’ihi ụjọ onye new ya bụ akụ, ọ chịkọrọ ha lawa n’ime obodo ịchọ onye nwe ha. Mgbe ọ chọtara onye new akụ ndị ahụ, ọ kọọrọ ya ka o siri meema rịọkwa ya mgbaghara. Ndi obodo ha nụrụ akụkọ a nyere ya otito maka ụdị obi o nwere. Ha kwuru na ọ bụrụ na ọ bụ ajọ nwata na ọ gaara eburu akụ bekee ndị ahụ taa ma ọ bụ ree ha.

Ịhụnanya ndị obodo ya n’ebe ọ nọ erughị ebe umengwụ ya dị. Ha na-abara ya mba na-adọkwa ya aka n atị maka ya. Ha na-abakwara ya mba maka echiche nke ukwu ya. Ha na’ajụ ya ka ọ ga-esi baa ọgaranya ma ọ bụrụ na ọ gaghị arụsi ọrụ ike. Nke a metre ka otu nweke tụọro ya ilu si ya, ‘‘Ngana kpuo ute, aguu ekpughee ya’’ Onye ọzọ werekwa sị ya ‘‘Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanu’’ N’otu ebe ahụ, otu agadị nwoke nụtụru la echiche ukwu nwata a gwara ya si, ‘‘Nwam, onye chọrọ ịbụ nnukwu mmadụ ga-agbalị mgbalị na ndụ ya. Onye na-agaghị agbalị mgbalị ma chọọ iba ogaranya, agaghị ibu onye ohi,. ‘‘Ma okwu nille a a gwara Obiokọ agbaghị ya ntị. Ha si n’otu ntị banye, ha esi na nke ọzọ piopụcha a. O wee bụrụ na onye a na-agwọ ibi, afọ ana-eto ya, ya na ajọ ọhịa ga-eme. (Nwadike 1999).

Ugbu a, zaa ajụjụ ndị a.

(1) Wepụ nke adabaghị

   a Obiakọ dara ngana.

   b. Obiakọ na-acho ihe ukwu

   ch Obiakọ na-ezuohi

   c. Obiakọ na-ekwu eziokwu

2. Wepụ nke adabaghị

a. Ndị obodo hụrụ ya n’anya.

b. Ndị obodo na-qabara ya mba.

ch. Ndị obodo na-ado ya aka n antị.

d. Ndị obodo kpọrọ ya asị.

3. ‘‘Ihe nwere uru nwere ọghọm.’’
Kedụ ka nke a sị bụrụ eziokwu na ndụ Obioko?

4. Kedụ agwa Obiakọ kacha pụta ihe n’akụkọ a?

5. Kọwaa ihe ndị a dị ka o siri metuta akụkọ dị n’edere a.

a. Ngana kpuo ote, agụụ ekpughee ya.

b. Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanu mmanụ.

Zaa ajụjụ ndị a maka yunit a:

1) Kedụ uru a na-enweta n’ime aghọtaazaa? Dee naanị abụọ.

2) Depụta ma nchịkọta ụzọ ihe atọ ị ga-agbakwasa ụkwụ ma ị na-aza igu aghọtaazaa.

3) Zaa ajụjụ 1ruo 5 ‘aghọtaazaa ahụ.

**NCHỊKỌTA:**

Ihe ị mụrụ nay unit a bụ ihe mgbakwasa ụkwụ maka aghọtaazaa ma zaa ajụjụ so ya.

**NNWALE**

Gụọ ederede a nke oma ọma zaa ajụjụ so ya.

Agụ gara n’ụlọ atụrụ otu ubọchị rịọ ya sị, ‘‘Biko enyi m atụrụ kponye m otu nwa gị ka ọ bịa kuwerre m nwa’’ Atụrụ asaa ya sị ‘‘Atula m ihe I kwuru. Lawa.M ga-agwa ụmụ ihe kwuru mara onye ga-abịa ikuru gị nwa. Bịaghachi echi, ka m gwa gị ihe m chepụta ’’Agụ alaa n’ụlọ ya.

Atụrụ matara nke ọma na Agụ adịghị echere ya naumu ya echiche oma na echiche ndu. O kpokpotara umu ya asaa. Ya ajuo nke Okpara si, ‘‘Okpara m, o bu ugboro9 ole ka ihe ga-eme gi,gi amara ihe?

Okpara ya asaa ya si, ‘‘O bu ugboro asaa’’ Aturu si ya ga nodu odu. O kporo nwa nwa ya nke abuo juo ya ihe o juru nke okpara. Ya asi nne na o bu

Nke ato asi na o bu ugboro ise, nke ano asi ugboro ano, nke asi ugbo ato nke isi asi na o bu ugboro abuo. Nwa ya nke asaa bu nke dikarisiri ntan’ime umu ya, Aha bu Ebule aku. Nne ya jukwara ya ihe o juru umu ya ndi ozo.Ya asaa nne ya si, “Tutu ihe o bula emee, amatachaala m okpuru ya, makwara ihe m ga-eme.”

Obi toro nne ya uto ya ekwee n’ isi, sị, “O bu gi ga-aga n’ ulo Agu ikpara ya nwa.” Mgbe Agu biara n’ echi ya, Atukura kpooro Ebule Ako kpoye ya ka o kuwere ya nwa. Agu kelere Aturu kporo ya laa n’uloya.

Mgbe chi jiri , Agu ghuru nwa ya ahu ghuokwa Ebule Ako O gburu nwa ya nzu n’ ihu, were uhie gbuo Ebule Ako n’ihu. Ha abaa n’ulo irahu ura. Agu were duru ha, gaa ebe a na-edina ala. Onyiwere ebule Ako n’etiti doruchie uzo. Ha niile arahuru ura.

Ura ekpughi ebule Ako anya Mgbe o huru na Agu urahula ura, o hipu uhie di ya n’ihu, hichapuchaa nzu nwa Agu n’ihu. O were nzu huo n’ihu ya ma were uhie huo nwa Agu n’ihu. O wekwara nwa Agu nyiwe n’etiti, gaa dina n’ime ebe Agu dina na mbu.

**AJUJU:**

a. Gini kpatara na Aturu choro iburu uzo juo umu ya ajuju banyere aririo Agu rioro ya?
b. Gini mere na Aturu hoputara Ebule Ako ka o gaa ikuru Agu nwa?
ch. Deputa ihe Agu mere iji huba nwa nke ya ama n’abali.
d. Deputa ihe i chera na Agu mere n’abali ahu mgbe o biliri n’ura. (S.C/G.C.E.June 1975).

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# Yunit 9: Ịgu Ederede a Hoputara na Iza Ajụjụ Sitere na Ya.

## MMALITE:

I hula otutu ederede anyi jiri mee omumaatu maka aghotaazaa I hukwala otu e si aza ajuju si n'aghotaazaa. Ugbu a anyi ga-edeputa ederede i ga-esi na ya zaa ajuju a ga-aju gi.

**MBUNUCHE:**

Na ngwucha ihe omumu a, a na-enwe ike.

1. Guo ederede e nyere gi nke oma site n'igbasote usoro mgbakwasa ukwu a kuziri gi.
2. Zaa ma zatakwa ajuju niile a juru gi.
3. Iza ajuju aghotaazaa o bula.

**USORO ỌMỤMỤ: YUNIT A**

Gbaanọọ mbọ guọ mgbakwasa ukwu e deputara nay unit 8ma guokwa ederede aghotaazaa e deputaara gin a yunit

a. jisie ike mee ihe niile a gwara gi mee.

**IHE OMUMU:**

Ugbu a, I hula otu omumaatu maka aghotaazaa.

Ị marakwala ihe I kwesiri ime tupu i malite zawa ajuju ajuju gi n' aghotaazaa. Guo ederede a nke oma ma zaa ajuju so ya. O dighi anya ha ewusia ulo uka ha wee gaa ajali gwa ukochukwu na ha ewuchaala ulo uka ha. Ha na ukochukwu wee yie mgbe o ga-abia megheere ha ulo uka ahu. Ukochukwu kwekwara ha nkwa na ubochi ahu ka ha ge-eme mmiri chukwu. O gwakwsra ha ka ha jisie ike choo ihe oriri na mmanya n' ihi na ndi ga-eso ya bia di ukwuu Ufodu ga-eso Adazi, onicha, Oka, wee tinyere ndi ga-eso ya n" Ajali.Ha na ukochukwu wee kwekota na o ga-abu n' izu asato ma o bu izu uka ano. Mgbe Ha lotara ha wee kee oru onye o bula ga-aru di ka ikeneyere onye ọ bula ihe o nwere ike ime. Nwosu kwere nkwa na anu na azu ugaghi enye nsogbu, na ya nwere ike ime iweta nke ga-ezu ihe o bula ha ga-esi. Osiri ka onye ozo gbutere anu ma o bu aghala impikpo ya n' oku maka ihe a ga-eme gbasara mmanya, ebe onye o bula n' ime ha bu diochi, nke bụ ọrụ ha kweerekọrọ ruru onye ọ bula ya bụ ibụte mmanye.

Ihe ọzọ ha mere bụ ihụ na ha mesịrị ihe niile dị mkpa n'ụlọ ahụ, dị ka ịrụ ihe mmadụ ga-egi nọdụ ala. Ha we zọọ aja were mee oche nọọdụ iri n'ime ụlọ ahụ. Ha niile rụsịrị ọrụ ike . Ndị mmiri an –echu , dị aja na azọ, ndị obubu na ebu, ndị na arụ Ihe ọbụla ha ketara ana \arụ. ọdịghị anya, ọrụ niile wee gwaụsịa. ụzọ ọrụ ụlọ ụka ahụ jị wee gwụ ọsọosọ wee kuru ọnụ dị kaha sị chọọ ya wee tụ ndị mmadụ n'anya (Osuagwu 1999)

Ugbu a, zaa ajụjụ ndị a

1. Kedụ ih ụkọchukwụ tụrụ anya ya ụbọchị a ga-emeghe ha ụlọ ụka?

2. Olee ụbọchị e mepere ụlọ ụka ahụ?

3. Nwosu wetara anụ na azụ, kedụ onye wetara mmanya?

4. Kedụ etu ha si wetachaa oche zuru mmadu niile ịnọ ala?

5. Depụta ụzọ ọrụ atọ putara ihe a rụrụ maka mmepe ụlọ ụka ahu.

**NCHỊKỌTA**

Na yunit a , ihe ị mụrụ bụ igosịpụta uhe ị mutara nay unit t na 8 site n' ịgụ e e nyere gị wee zaaa ajụjụ s ya.

**NNWALE:**

gụọ ederede ndia ma zaa ajuju so ha.

**EDEREDE A:**

Mgbe ọ bụla ha na-ata unu ụta, na esogbụkwa unu, na-ekwukwa ajọ ihe di iche iche megide unu n'okwu ụgha n'ihim, ńụrụịanụ ọ́ńụ ka obi tọọkwa ụnụ ụtọ nke ụkwuu; n'ihi na tu a ka ha mesoro ndị amụma ndị buru unu ụzọ. Na-eguzosịnụ ike n'okwukwe unu Bụrụnụ ndịkom, na-adịnu ike jisie ike, a sụla ngọngọ Madụ ụfọdụ ga-akpọ un asị. Ndị ọzọ ga-eledea unu anya, Hapụ ha lee anya n'elu Tukwasịnụ chineke obi (Osuagwu, 1999)

**AJỤỤJỤ:**

1. Kedụ onye na-enye na enye ndụmọdụ n'abụ a

2. Kedụ ndị ọ na-agwa?

3. Depụta ụzọ ihe anọ ndị a na ekwu kaka ha merla ndi amụmụma.

4. Kedụ ụzọ ihe anọ ha ga-eme wee bụrụ ndịkọm?

5. Kedụ ebe a ga-ahu ndụmọdụ niile a e nyere n'abụ a?

**EDEREDE B:**

Ọ bụghị taa ka ọganihu ndị mmadụ na-ewuta ihe ha, ọchi abụ ụtọ. N'ụbochị e mere emume ịgbaghe ụlọ Pịta wuuru nna ya ka onye iro mnyere nna ya ahụ ya n'ebe mmadụ ihe ya nọ n' igosị na ọnụ nna ya wutere ya. Kama, ọ na-aga n'ihu n'igosị na mmadụ niile bụ out. Ọ laghaịkwa azụ n'ebe okwu Chineke dị ma n'ala ha ma n'ebe ọzọ.

Ọ bụ n'afọ out puku narị itolu, iri atọ na is ka Pita wusịrị ulọ nna ya ahụ ma nna ya anwụọ n'afọ atu narị itolu iri atọ na asaa.

Pita wee bichizie n'ụlọ nna ya ebe ọ bụ dịokpara(Osuagwu 1999)

**AJỤJỤ:**

1. Kedụ, ihe butere ọnwụ nna Pịta?

2. Ọnwụ nna Pịta, ọ metụtara okwukwe ya? Kọwaa.

3. "Nke a emeghị ka Pita gbanwoo uma ya n'ebe mmadụ ihe ya nọ. "Kedụ ihe okwu a pụtara n'edemedea?

4.(a) Dee afọ Pịta wuru ụlọ nna ya na fịgọ.

(b) Dee afọ nna Pịta nwụrụ na Fịgọ

5. Afọ ole ka nna Pịta biri ndu n'ụwaa ka e wusịrị ya ụlọ?

**AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.**

**EDENSIBỊA:**


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Emenajọ, E.N. et al. (1987) *Igbo maka Junio Sekọndịrị*: Ibadan University Press Plc.

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

Okoye Ogechukwu (1999) *Asusu Igbo.* Newage Press.

Ogbalu, F.M.C. (1981) *Ndụ Ndị Igbo* Onitsha; University Publishing Co.

# YUNIT 10: NCHỊKỌTA

**MMALITE:**

Ọ bụ bido na yunit 1 ruo na yunit 6 ka ị hụrụ ihe Gbasara atụmatụ okwu a. Yunit 7 ruo yunit 9 ka a kuziri gị ihe gbasara aghọtaazaa Ugbu a ihe ị ga - ahụ na yunit a bu nchịkọta ihe niile ahụ I mụrụ bido na yunit ruo na yunit 9.

**MBUNUCHE:**

Na ngwụcha ihe ọmụme a, a na – atụ anya na ị ga- enwe ike

1. kọwaa ihe atụmatụ ọkwụ bụ.
2. nye ọmụmaatụ atụmatụ okwu dị iche iche.
3. nye nkọwa ihe bụ aghọtaazaa.
4. gụọ aghọtaazaa ma zaakwa ajụjụ so ya

**USORO ỌMỤMỤ YUNIT:**

Tụpụ ị malite ọmụmụ ihe dị na yunit a, gbaa mbọ hụ na ị mụchaala ihe niile a Kụziri gị bido na yunit 9, Gbaakwa mbọ hụ na ihe omume niile na ihe nwale niile dị na ha nke i megbadoro nke ọma meruo n'isi.Na yunit nke a, gbaa Mbọ hụ ị gụrụ ma ghọtakwa ihe a ga-akụziri gị ebe a. Mee kwa ihe niile a gwara gị ka I mee. Yunit ọ bụla a kụzigoro gị nyee gị nsogbu, gbaa mbọ gakwuru onyenkuzi ka o nyere gị aka.

**IHE ỌMỤMỤ:**

**NKỌWA ATỤMATỤ OKWU NA NKENỤỤDỊ YA:**

Na yunit 1 ka a nọrọ kuziere gị maka isiokwu a. E mer ka ị ghọta na atụmatụ okwu bụ okwu ndị ahụ na-abata n' okwu anyị na-ekwu iji wee mee ka okwu ekwuru dị ọgọ ma maa mma. N'otu yunit ahụ, e zipụtara ma gosị gị ọmọmaatụ dị iche iche bucha nkenụụdị atụmatụ okwu. N' ebe ahụ ka ị nọ wee mara na nsinụụda dị ụzọ abụọ. Otu bụ ụcheụda dị ka warawara, mụrụmụrụ, bịrịbịrị dgz, ebe nke ọzọ bụ ụdaụda bụ nke e ji ụda ọ na-ada amara ihe na-eme ya, dị ka gbim gbim, gbam, gwoo gwoo. Ihe ndị ọzọ e nyere gị ọmụmaatụ ya bụ myiri, mbụrụ, ajụjụ

nzaraonwe.

**NKỌWA AKPAALAOKWU NA ỌMỤMAATỤ YA;**

Na yunit nke abụọ anyi kọwara akpaalaokwu di ka atụmatụ okwu ndị Igbo na-etinye n' okwu ha iji wee kọwapụta n' ụzọ miri emi, ihe a na-ekwu maka ya. N' asusu Igbo akpaalaokwu na-enye aka ka ime ka asụsụ kaa akaa maa mma ma nwee ugwụ. Ọ na-eme ka mmadụ chee echiche tupu ọ ghọta ihe a na-ekwu. Na yunitahụ e depụtara ọtụtụ ọmụmaatụ maka akpaalaokwu. Gbaa mbọ gụọ ya ọzọ.

**ỊKỌWAPỤTA IHE BỊAMBỊAMGBOCHI,EGBEOKWU**

**NA NNAGIDEOKWU PỤTARA NA ỌMỤMAATỤ HA:**

Ọ bụ na yunit 3 ka a nọ kụziere gị maka isiokwu ụda sitere n' iwebata out ụdị mgbochiume na-abịa ọtụtụ ugboro n'ahịrịokwu iji nye ihe a na-ekwu ụda pụrụ iche. Egbeokwu ka anyị kọwara dị ka atụmatụ okwu na-eme ka a hụ ihe karịa ma ọ bụ Pekarịa ka ihe ahụ ha n'ezie. Anyị kọwara nhagideokwu dị ka atụmatụ okwu na-enwere okwu abụọ otu na-atọ ụtọ ma nke ọzọ na-elu ilu tinyekọta n' otu ahịrịokwu dị ka ọnwụ na ndụ, akwa na ọchị dgz.

**ỊKỌWAPỤTA IHE IGBUDUOKWU,MBỤRỤ NA MYIRI**

**PỤTARA NA INYE ỌMỤMAATỤ HA:**

Na yunit 4,anyi lebara anya na nkọwa igbuokwu, mbụrụ na myiri. Enyekwara ọmụmaatụ ha iji kọwapụta ha nke ọma. Igbuokwu dị ka anyị siri Kọwaa ya nay unit ahụ bụ atụmatụ okwu nke na-esite n' iburu otu ihe n' uche ma na-ekwu ihe ọzọ wee mee ka ofeke ghọtahie ihe a na-ekwu dị ka-"Agụrụ gụwa gị, erikwala nri". "I buru ite ahụ ruo na mmiri,tiwaa ya". A kọwakwara mbụrụ dị ka atụmatụ okwu na-esite n' ikwu na otu ihe bụ ihe dị otu a wee na-ama atụ ka ihe ahụ ọ na-ekwu maka ya dị. Ọmụmaatụ mbụrụ bụ "Nwoke ahụ bụ agụ." "Nwata ahụ bụ ejula." Ihe ọzọ anyị lebara anya na yunit a bụ myiri bụ nke anyị kọwara dị ka atụmatụ okwu na-egosi ka ihe si wee yie ihe. Ọ na-eji "dị ka" arụ ọrụ nzipụta echiche dị otu a. Ọ na-esite n'isi na out ihe dị ka nke ọzọ wee na-ezipụta site n'atụ ahụ ọ mara, ihe ahụ ọ na-ekwu maka ya yiri. Ọmụmaatụ myiri bụ "Afọ nwaanyị ahụ dị ka ite." "Chike dị ike ka agụ." Atụmatụ okwu ndị a na-enye aka iwulite na ịchọ asụsụ Igbo mma.

**ỊKỌWAPỤTA IHE MMEMMADỤ NA ENYOOKWU PỤTARA NA INYE**

**ỌMỤMAATỤ HA:**

N'ihe ọmụmụ yunit 5 ka anyị nọrọ muo ma kowaa mmemmadụ na Enyookwu ma nyeekwa ọmụmaatụ ha.

Mmemmadụ bụ akpaalaokwu na-eji ihe abụghị mmadụ, ma ọ dị ndụ, ma ọ nwụrụ anwụ, were ya nye ya ọnọdụ ka mmadụ.Ọ na-eme ka ihe ahụ na-ekpa ike ma ọ bụ na-eme omume ka mmadụ. Ọmụmaatụ mmemmadụ bụ "Onye nwụọ, ala erie ya," "Anwụ na-etigbu mmadụ ebe a," "Agụụ pịara ndị ọrụ ahụ ụtariị"

N'ota yunit ahụ , anyị lebara nya na nkọwa enyooku bụ nke anyi kọwara dị ka atụmatụ okwu na-eji out ihe okọwa ihe. Ọ na-ewere otu ihe ma mee ya ọ bụrụ enyo nke a na-esite nay a we na-ahụ ihe ahụ ọ na-okọwa ma ọ bụ ọ na-ekwu maka ya. N'ima atụ ya, anyị nwere ike ikwu dị ka ''Ndị okpu ọcha nọ n'ụzọ''. Asa ahụ bịara ebe a bụ nwa Mz. Okorogwe'' Ndị okpu mme nwere nzu taa.'' Gaa gụọkwa ihe a kụzierela gị na yunit 5 maka mmemmadụ na enyookwu ma ọ bụrụ na ị ghọtabeghị ya.

## IHE NKWUMA, NKWUSARA, UCHEỤDA NA UDAỤDA

## PỤTAREA NA ỌMUMAATỤ HA.

Ọ bụ na yunit 6 ka a nọrọ wee kụziere gị isiokwu ndị a. Na yunit ahụ, a gwara gị na nkwuma bụ atụmatụ okwu ngbew ha na-chọgị igwa nmadụ okwu baa n'ihi na ikwu ya out ahụ nwere ike ibute nsogbụ n'ụdị na ọ gaghị adị onye na-anụ ya ụtọ n antị iji otu ahụ nụ ya. Otu o sila dị e kwachakwaa ya n'ụzọ nke a ma ọ bụ n'ụzọ ọ ga-adị onye ahụ mma na atị, o nwekwararịị ike ịbụ ihe ga-ewuta ya ma ọ bụ ihe ga-afụ ya ụfụ n antị ma ọ bukwanu ihe agaghị adị ya mma mana ihe ndị a meghị ozigbo ahụ. Iwe gara ewe ya nnukwu adịla obere. Ọmmụmatụ nkwuma bụ ''Ọ gaara udele akwa nne ya,'' ''Edugara m ya ogwe'', ''Ọ gara n'azụ ụlọ'', ''Ọ laala mmụọ''.

Ihe ọzọ anyị lebara anya nay unit ahụ bụ nkwusara. Nkwusara bụ atụmatụ okwu ndị Igbo ji ekwu okwu mgbe ha na-agwa ihe ma ọ bụ onye ha ahụghị anya okwu. O nwere ike ịbụ ihe dị ndụ ma ọ bụ ihe adịghị ndụ ma ọ bụkwa ihe nwụrụ anwụ.

1. Nna anyị, laa n'udo doziere anyị anọdụ mgbe anyị ga-abia.
2. Ọ kwa ka mgbe m garawa ahịa ka chike pụru mkpagharị. Ọ dị mma lọta ka m agwa gị ihe ndị mmụọ ji ntị oke eme.
3. Anwụ a, biko, kesiwe ike ka ihe m dowere n'iro kpoọ.


N 'otu aka ahu kwa, anyị kọwara ucheụda dị ka ụda e ji uche ama ọ ngweghi ụda ọ bụla a na-anụ ihye mere ya kama e ji uche aghota ya, dị ka.

1. Egotere m mmanya oto biribiri.
2. Ahu ya na-akwo murmuru

   Anyi kowakwara udauda ka a na-eji mkpotau ma o bu uda ihe mere ama ya. O na-abu ihe mee uda, a mara ihe mere uda ahu ma nu uda ya. Omumaatu.

1.O na-ekwo ura kpururukpururu abali niile.
2.O ji ogba tumtum gafee anyi.
3.O ji gbamgbam kpuchie ulo ya.

Ugbu a, o di mkpa ka anyi kwuo na ucheuda bu nsinuda. Ya bun a ihe a na-akpo ha nsinuda. Lee ha.



## IHEOMUME I:

1. Gini bu atumatu okwu?
2. Deputa atumatu okwu ise I maara?
3. Deputa ahiriokwu omumaatu na-egosi atumatu okwu abuo i maara.
4. Kedu ihe di iche n'ucheuda na udauda?

**IHE AGHOTAAZAA PUTARA NA IHE AGHOTAAZAA JI NDI MKPA:**

Mgbe a kuziri gi yunit 7, a no ebe ahu gwa gin a aghotaazaa bu nkenke akuko e dere n'udi ederede nkiti ma o bu abu gbasara ihe mere eme ma o bu ihe enweghi ike ima ma o bu ihe nwere ike ima n'odiniihu iji nwalee umu akwukwo ma o bu guru ya ka o si ghotadebe ya. Na yunit 7, 8, and 9, e deputara aghotaazaanke I kwesiri izacha ajuju so ha. Na yunit 7 ka anyi no wee rutu aka na mkpa ole na ole aghotaazaa di Gbaa mbo leruo nke a anya.

**IHE MGBAKWASA UKWU MAKA AGHOTAAZAA NA IGU IHE A MAPUTARA MAKA AGHOTAAZAA NA IZA AJUU SI NA YA:**

O bun a yunit 8 ka a no wee lebaa anya maka aghotaazaa. N'ebe ahu, anyi kwuru na onye na-agu aghotaazaa kwesirii igu ya ugboro ato tupu o malite dewe osisa ajuju a juru ya kpomkwen n'etinyeghi ma zaakwa ya na nkenke ahiriokwu kara aka. A si gi kowaa ilu di n'aghotaazaa, I ga'agba mbo hu na I ji nkowa nkiti nkowa ya, n'ejighi ilu ozo wee kowaa ya.

**IGU EDEREDE A HOPUTARA NA IZA AJUJU SITERE NA YA:**

Na yunit 9 e deputara ederede ato maka aghotaazaa . Otu bu ederede nkiti ebe abuo n'ime ha bu ederede abu. Na ngucha nke o bula, e deputara ajuju sitere n'ederede ndi ahu ka I ji tulee onwe gi. Gbaa mbo guo ederede ndi ahu ma o buru na I gughi ha. Zaakwa ajuju a juru maka ha . I mechaa nke a, tinye uchu n'ichota akwukwo ndi ozo nwere ederede aghotaazaa guo ma zaakwa ajuju di ya.

**IHE OMUME II:**

1. Deputa nhiaahu ato umuakwukwo na-enwe n'igu na iza ajujuaghotaazaa.
2. Kedu ihe ga-eme ka umuakwukwo na'enwe mmasi n'aghotaazaa?
3. Dee uru ato anyi na-enweta n'ime aghotaazaa.

**NCHIKOTA:**

Na moduul a, ihe i muru maka ya bu

- Nkowa atumatu okwu na nkenuudi ya.
- Nkowa akpaalaokwu na omumaatu ya.
- Ikowaputa ihe biambamgbochi, egbe okwu na nhagide okwu putara nas omumaatu ha.

- Ikowaputa ihe mmemmadu na enyookwu putara na inye omumaatu ha.
- Ihe nkwuwa, nkwusara, ucheuda na udauda putara na omumaatu ha.
- Ihe aghotaazaa putara na ihe aghotaazaa ji di mkpa.
- Ihe mgbakwasaukwu maka aghotaazaa na iza ajuju sin na ya.
- Igu ederede a hoputara na iza ajuju sitere nay a.
- Nchikota ihe omumu niile a muru na moduul a.

## NNWALE:

Zaa ajuju ndi a.

1. Deputachaa atumatu okwu iri muru maka ya na moduul a
2. Deputa ahiriokwu abuo bu omumaatu okwu buo ndi ozo I muru.
3. Guo ederede a ma zaa ajuju so ya.

Okokporo chiwe nkwu siwe ite, out emebia. Ya bun a mmadi anaghi etinye aka abuo n'onu oge. Ma Akubuuzo kwenyere Na a kwughi otu ebe ekiri mmanwu,. O gbaliri igosi nay a puru ime ihe abuo di ike metachaa ha nke oma ihe o bula o na-eme akpan ochi. Usu ruru n'oji abughikwa nwa usu n'ihi ya Akubuuzo enweela agba n'olu nkuzi. O bu otu n'ime ndi nkuzi ukwu a na-anu aha ha ma na-alukwa olu ubi karia onye o bula n'bangwu. Onye o bula batara n'ulo ya agaghi ekwe na o nwere ihe ozo o na-eme karia ikpa okuko na oboguu, ikoji na akpu na-ichu achu oka, ose, akidi, tomato na akwukwo nri di iche iche. O dighi ihe a na-cho chona be ya. Ugbo ji ya buru oke ibu, ugbo akpu ya aturu a tawa. Ugbo oka, ose, tomato na akwukwo nri na anaghi ekwe elezu ha anya. Ha dum dicha ka ihe na-eto n'akuku mmiri. Akubuuzo amghi ihe o ji ego eme. Ego o na-ereta n'ihe ubi ya kariri ihe olu nkuzi na-enye ya. O naghi akpa nri n'ahi a, kama o na-ere ere. Naani ihe oriri o na-azu n'ahia bu mmanu, nnu na isi azo.O naghi azu udi azu ozo karia is I nnukwu azu n'ihi na o siri na o-enye ubur akwukwo (Emenanjo 1981)

### ZAA AJUJU NDI A:

1. Deputa ahiri ndi a a kara ihe n'okpuru ma kwuo udi nke edemede ha bu.
2. Olee obodo Akubuuzi bi n'ime ya?
3. Kedu ihe na-enye Akubuuzo ego ya?
4. Gini mere na Akubuuzo na-eri naani isi azu?

### AZỊZA NIILE MAKA IHE OMUME A NA NNWALE DỊ NA NGWỤCHA AKWỤKWỌ A.

### EDENSIBỊA:


Ekwealor, C.C. (2000) *Omenaala Na Egumewu ndi Igbo.* Plama Publishing Co. Links Ltd., Onisha

Ezeomeke S.O. (1999) *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo* Easy-Quality Press, Enugu

Nolue Omenanjo et al. (2008) *Igbo maka Junio na Sinio Sekọndịrị 1-3*. University Press, Ibandan.

# AZỊZA MODULE NKE MBU

## YUNIT 1: OLEE NDỊ BỤ NDỊ IGBO

### Ihe Ọmume I:

1. Ndị Igbo bị n’Ọwụwa Anyawụ Naijirịa.
2. Igbo pụtara asụsụ na otu agbụrụ.
3. Ụdị ndụ ha na-ebi, ụdị nri ha na eri, etu ha si echi echichi, etu ha siri malite.

### Ihe Ọmume II:

1. Olaudah Eọuiano na ndị ozo si na ndị Igbo si na Hibru.
2. Omenaala ndị Juu atọ yiri nke Igbo bụ: igụ aha site n’ihe mere mmadụ na ndụ, ibi ugwu na ile ọmụgwọ.
3. Igboukwu, Obukpa na mpaghara Nsuka na Ukpo na mpaghara Afikpo.

### Ihe Omume III:

1. Ha na-agba mbọ
2. Omenala ịgọ ojii na ịwa ojii
3. Chineke nyere ha ala ebe obibi na asụsụ

### Nnwale:

1. Ọ bụ n’ihe ihe ọkpụ e gwupụtara n’ebe ụfọdụ n’ala Igbo.
2. Igbo, Awusa na Yoruba
3. Ejiji ha, omenala, akparamagwa na ụdị nri ha na-eri.
4. Ọ bu maka na ndị Igbo si n’otu asụsụ ‘Proto-kwa

## YUNIT 2: ALA IGBO NA NAỊJIRỊA

### Ihe Omume I:

1. Mba ọ bụla nwere ala ebe ha bi.
2. Steeti Rivas
3. Owerri, Orlu, Oguta, Ikeduru na Akọkwa
4. Ikwo, Abakaliki, Amagu, Izaa.

### Ihe Omume II:

1. Awka, Umunze, Amaobia Nri na Onitsha

2. Ebonyi steeti

3. Enugu Ezika di n’ Enugu State

## Ihe Omume III:

1. Delta na Rivas

2. Delta

3. Enugu

## Ihe Omume IV:

Nke a bụ nwata akwụkwọ ga-eji aka ya.

**Kpọta obodo** nille ahu dị na dị maapụ ma depụtakwa ụfọdụ n’ime ya n’otu n’otu .

## Nnwale:

(a ) Omenala na asụsụ

(b) Asaba, Ibụzo, Ika, Umunde na Ogwashiukwu

(c) Itumbaụzọ

(d) Abia, anambra, Ebonyi, Enugu and Imo

(e) Abakaliki

(f) Rivas

(g) Abakaliki

# YUNIT 3: AGBATA OBI NDỊ IGBO NA NAỊJỊRỊA

## Ihe Omume I:

(a) Idoma, Igala, Ukelle, Ekujuk na Tivi. Onye detere atọ n’ime ndị nwere ya.

(b) Idoma

(ch) Igala

## Ihe Omume II:

(a) Ibibio na Efik

(b) Ibibio , Ejagham na Yako

(ch) Ehugbo

## Ihe Omume III:

1. Ihe ofesi Naija Igbo mụtara n’ aka Edo bụ usoro ọchịchị na aha a na-enye ndị na enyere eze aka n’ọchịchi.

2. Ụfọdụ n’ime ha na-egbu egbugbe dị ka Igala.

3. Mbikọ ndị Igbo na Ibibio mere ka ha na-eti ekpo.

## Nnwale

1. Agbataobi ndị Igbo sitere n’ugwu ruo na ndịda sitekwa n’owụwa anyanwu ruo ọdịda anyanwụ.

2. Ibibio na Efik

3. Ụkwanị na Ndi osimili

4. Ekpo

5. Ọwuwa anyanwụ

6. Ọ metụrụtara Usoro ọchịchị; omenala na usoro achụmụnta akụ na-ụba.

# YUNIT 4: EJIJI NDỊ IGBO

## Ihe Omume I:

**1.** Ejiji bụ ihe niile a na-eyi n’ahụ iji kpuchie ọtọ ma dịkwa ọgọ n’anya.

2. Ọ nwere ike iji akwa, ihe ọnyịnya na akpụkpọụkwụ kee ekike n’ala Igbo.

3. Ihe abuọ kpatara e ji eyi akwa (a) Ikpuchi ọtọ (b) Ịdị ọgọ n’anya.

## Ihe Omume II:

1. Ụmụagbọghọ na-eyi jigida n’ukwu ,dee ụri ma teekwa uhie.

2. Nwoke ruo ihe e ji mmadụ eme, o bido waba akwa ,oge gboo.

3. Ụgbụ a ndị Okenye n’Aguata na-ama otu ukwu akwa ma yikwasị ya uwe mwụda.

4. Ụmụnoke Item na-ama otu ukwu jọọjị ma yikwasị uwe isiagụ kpunyekwa okpu Isiagụ.

## Ihe Omume III:

1. Ha bụ ọzọ, eze, ihie na lọọlọ. a ga-anabata atọ ọ bụla a kpọpụtara.

2. ndị eze ji akupe anare ekele

3. Onye lọọlọ tosiri ịma akwa akwụete abụọ; kwụrụ iyeri; nyanye aka n’olu: gbanye ọdụaka ma bụrụkwa ọdụ enyị n’aka.

4. Obodo abụọ ndị ahụ bu Otuocha na-Aguleri.

## Ihe Omume IV:

1. Ụmụ nwanyị ọgbaa ọhụụ ji ọmụma na ntụkwasị akwa ọcha, ihe olu ọcha na iyeri ntị ọcha ka ha ji agba mkpe di ha.

2. Mgbe ọ bụla dị nwanyị nwụrụ, a ga-ebu ụzọ kwụpụ ya iyeri ntị, nyapụ ya ihe ọ nya ma sụpu ya ịchafu n’isi.

3. Nwaanyị dị ya nwụrụ n’oge ochie, ọ ga-ama akwa ojii, yiri iyeri ntị ojii ma nyanye ihe olu ojii.

## Nnwale:

1. Ọbụ iji gosị na ya nọ n’uju.
2. Ọ ga-akwụ iyere ntị ojii,nyarakwa ihe olu ojii; marakwa akwa ojii.
3. Ụmụaka na-agba ọtọ.
4. Ndị ọzọ na-ekpu okpu mmee mmee
5. Ha na-ama otu ukwu akwa jọọji, yikwasi uwe isiagụ n’elu ya ma jirikwa akụpe n’aka ha ji anara ekele.

# YUNIT 5: EKELE NDỊ IGBO

### Ihe Omume I

1. (a) Ịhụnanya
   (b) nsọpụrụ
   (c) ịkwanyere onye ka mmadụ ugwu
2. Onye ọ bụla kwesịrị ị na-ekele ekele
3. O gosịrị adịghị na mma

### Ihe Omume II

1. Ekweghị ekele na-egosịpụta akpọghị ihe/ịkpọ mmadụ ihu ojọọ.
2. O kwesịrị ịkele ya ekele
3. “Ị teela”

### Ihe Omume III

1. Ndoo, kaa
2. Daalụ ọrụ, deeme, jisie ike

3. Ekwueme, Ọkaaomme, Ọnyirịmba

**Ihe Omume IV**

1. Ihu onye ahụ kwesịrị igosịpụta obi ańụrị na obi ocha
2. Ọ na-eme ka ihu saa mmadụ na ihe ya
3. Ikele ekele na-egoịpụta ezi nnabata.

**Nnwale**

1. Ọ bụ mgbe ọ di ntakịrị
2. Ka chi foo, ka chi bọọ
3. Ị pụtala ụra ma ọbụ 'Ị saala chi?
4. Onwere: Ị bọọla chi

   Ọhafia: kaa

   Abịrịba: kaa

# YUNIT 6: AKPARAMAGWA NDỊ IGBO: ỊGABA MBỌ HA ILETA NDỊỌBỊA

**Ihe Omume 1**

1. Otu nke a sị metụta Igba mbọ ndị Igbo bụ na onye ọbula na-enwerịrị ihe ọ na-eme. Onye enwghị na-aga anamachọọrụ: Ụfọdụ na-arụ ma na-akpakwa akụ. Ụfọdụ na-eme njem iji chọta ihe ha ji abụ mmadụ.
2. Ụru atọ ịgba mbọ nke ukwu bụ na kwenyere na ọkwa mmadụ dị ya n'aka ịbụ ọgaranya ma ọ bụ ogbenye.

**Ihe Omume III**

1. A na-asị ya nnọọ, nye ya oche ma cheekwara ya ọjii.
2. Ọ bụrụ na ojii adịghị, onye ahụ ga-asara ya ụsa ọjii dị ka "ọjị juru ụlọ" ma "ọbụ abalị ewerela ọjị"

**Nnwale**

1. Ụzọ dị iche iche ndị Igbo si agba mbọ bụ site n'izụ ahịa akwụkwọ, ị ga anamachọọrụ, irụ orụ ugbo, ime njem, ikpa akụ.
2. Uru atọ ịgba mbọ baara dị Igbo bụ:

   (a) Mmepe anya

   (b) Oganiihu

(ch) Mmụta

3. Ọghọm abụọ nke a butere bụ

   (a) Itufu ụfọdụ omenala Igbo

   (b) Ichefu ọrụ dịrị mmadụ'ezi na ụlọ

4. Ndị Igbo na-eleta ọbịa nke ọma

   Ha na-ewere ọbịa dị ka otu onye n'ime ha.

   Ha na-eleta ya ma na ndụ ma n'ọnwụ.

# YUNIT 7:ỌRỤ NNE NA NNA N'EZI NA ỤLỌ

## Ihe Omume I

1. Ọrụ kasị mkpa nwaanyị na-arụ n'ezi na ụlọ bụ ịmụ na ịzụ ụmụaka.
2. Ezi na ụlọ nne anọghị yiri ofe e techara ma e tinghị, ya nnu.
3. Ọrụ atọ nwaanyị nwere ike ịmụta n'aka nne ya bụ isi nri, ihicha ụlọ, I gbunye akpụ na nayo ya.

## Ihe Omume II

1. Nke a pụtara naọrụ dịịrị nna ụlọ abụghị ntakịrị ihe.
2. Ọrụ atọ nna nwere ebe nwunye ya nọ bụ ịzunye ya akwa, inye ya ego nri, ile ya ọmụgwọ.
3. Ọrụ anọ nna nwere n'ebe ụmụ ya nọ gụnyere ịkwụ ụgwọ akwụkwọ ịzụtara ha uwe iche he echiche, inye ha ndụmọdụ.

## Nnwale

1. Ọrụ ise nne nwere n'ezi na ụlọ gunyere isi nrị ichọta ụlọ ịkụziri ụmụ ya ezi agwa, idozi ụlọ.
2. Ọrụ ise nna nwere n'ezi na ụlọ gunyere ịrụta ebe obobi, iweta ego nri, ichedo ezi na ụlọya n'ibi egwu ịkụziri ha omenala, iwelite onọdụ ezi na ụlọ ya.
3. Ebe nne na nna dara n'ọrụ dịri ha n'ezi na ụlọ.

   (a) Ezi na ụlọ anaghị eriju afọ

   (b) Esemokwu na-adị oge dum

   (ch) Ụmụaka new ike bụrụ ofugori

   (d) Ndị nwaanyị nwere ike sụọ ahịa

   (e) Ụmụaka nwere ike bụrụ ndị aka ntụtụ

   (f) Ndị nwaanyị nwere ike tụrụ ime mkpuke

4. Ụru ise dị n’iru ọrụ dị n’ezi na ụlọ nke ọma

   (a) Ezi na ụlọ na-wnwe aṅụrị  gbe dum.

   (b) Udo na-adị n’ime ya

   (c) Ụmụaka na-enwe aka ọrụ dịmma

   (d) Ezi na ụlọ na-enwe ugwu n’obodo

   (e) Ụmụnwaanyị na-alụ dị ọsịịsọ

   (f) Ha na-enwe ọkwa n’ọchịchị obodo

# YUNIT 8: IZULITE NWA N’ALA IGBO

### Ihe Omume I

Ebumnobi e ji azụlite ụmụaka bụ ka ha mata omenala ha, gbasie ike, nwee ọgụgụ isi ma na-akpakwa agwa ọma.

### Ihe Omume II

1. Ka nwoke nwee ndị ga-arụrụ ya ọrụ.
2. Maka okwukwe ndị ụka Kraịstị ugbu a.

### Ihe Omume III

1. Otu  ihe jikọtara ha bụ ha mebere ezi na ụlọ mbasa.

### Nnwale

1. Ezi na ụlọ bụ ndị bi n’ụlọ nke ndị mebere ya bụ nne, nna, ụmụ na ndị na-agara ha ozi.
2. Ha bụ ezi na ụlọ otu  mkpuke, ezi na ụlọ ụbara mkpuke na ezi n’ụlọ mbasa.
3. (a) Ka nwoke nwee ike ile ezi ezi na ụlọ ya na ya nke ọma, ma ọ bụ

   (b) Ka nwoke nwee ndị ga-alụrụ ya ọgụ ma ihe ọgụ dapụta ma ọ bu

   (ch) Ka ndị mmadu na-asọpụrụ ya.
4. (a) Ha abụọ na-enwe otu  nna nw ụlọ

   (b) Ha abụọ mebere ezi na ụlọ mbisa
5. Ndịiche dị na ha bụ na ezi na ụlọ Otu  mkpuke na-enwe naanị otu  nne ezi na ụlọ ma nke ụbara mkpuke na-enwekarịa otu nne nwaanyị.

# YUNIT 10 NCHỊKỌTA NDỊ IGBO NA NDỤ HA

**Ihe Omume I**

1. Otu nnukwu ihe jikọtara ndị Igbo dị ka otu agbụrụ bụ na ha bikọtara n'otu ebe amara dị ka ala Igbo

2. Obodo abụọ ha na Igbo gbara agbataobi na ndịda Igbo bụ ndị Ijo na ndị Ogoni.

3. Ihe dị mkpa bụ na ndị Igbo ebiela ebe ha bi taa ihe karịrị puku afọ isii

**Ihe Omume II**

1. Ejiji ndị chiri echiche, ejiji ndị na-agba mkpe

2. Ekele na-egosịpụta nsọpụrụ, ihụnanya, mwute na nkwanye ugwu

## Ihe Omume III

1. (a) Site n'inye ịbịa oche

   (b) Site n'inye ọjị
   (ch) Site n'inye nri

2. (a) Onye Igbo nwee ike ịrụ ugbo

   (b) Onye Igbo newer ike iji anamaachọorụ.

   (ch) Onye Igbo nwere ike ịzu ahịa

## Ihe Omume IV

1. Nwata mehie e nye ya ntaramahụhụ

2. Ezi na ụlọ otu mkpuke na ezi naụlọ ụbara mkpuke.

## Nnwale

1. Abia, Anambra,Ebonyi, Enugu, Imo, Rivers, Delta, Akwa Ibom

2. Ndị Igbo b ụdi ndị bi n'ọwụwa anyanwụ Naijirịa, ụfọdụ bikwa nofesi Naijirịa. ha na-asụkwa asụsụ Igbo.

3. Ụminwanyị Igbo lụrụ din a eyi ịchafu isi, ọmụma nanụkwasị akwa naakpụkwu.

4. Ndị Igbo bụ ndi na-agba mbọ.

5. Mee ihe a gwara gị mee na nke a.

## Ihe Omume II

1. Ụzọ Igbo sị agba mbọ wtara ndị Igbo mmepe anya bụ site n'agụmakwụkwọ ime njem nammekọrịta ha na gbụrụ ndị ozọ

2. Ọ nweghị one na-arịo ibe ya ihe n'ihi ya nsọpụrụ lara kpam kpam.

## AZIZA MODUUL NKE ABỤỌ

## YUNIT 1: MKPỤRỤ EDEMEDE IGBO N'ỤDỊ E NWERE YA UGBU A

### Ihe Omume I

1. Abịdịị Igbo dị iri atọ na isii

2. Ọ bụ n'afọ 1961

3. Aha onyeisi chịkọtara abịdịị Igbo bụ Maazị 'Ọnwụ

### Ihe Omume II

1. E kebiri abịdịị Igbo ụzọ abụọ

2. a b ch d e f g gb gh gwh i ị j k kp kw l m n nw ny o ọ pr sh t u ụ v w y z

3.

| | | | | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| a | = | akị | B | = | Obi | ch | = | oche | d | = | ude |
| e | = | ede | F | = | Ofe | g | = | ugo | gb | = | egbe |
| gh | = | agha | gw | = | ogwu | h | = | ehi | i | = | Igo |
| ị | = | ịga | J | = | ụja | k | = | oke | kp | = | ụkpa |
| kw | = | akwa | I | = | ụlọ | m | = | mmadụ | m | = | nzu |
| ń | = | ọ ńụ | nw | = | ọnwa | ny | = | eyo | p | = | opu |
| ọ | = | ọkụ | P | = | Opi | r | = | Ire | s | = | ose |
| sh | = | asha | T | = | Ute | u | = | ube | ụ | = | ụta |
| y | = | mvọ | w | = | Uwe | y | = | myọ | z | = | azu |

4. Ụzọ abụọ e kebiri abịdịị Igbo bu: Mgbochiume na Ụdaume.

### Nnwale

1. Abịdịị Igbo bara uru nke ukwu ' ihi na ọ bụ ya ka e ji emebe okwu. Ọ bụkwa ya ka e-ji ede ihe ọ bụla n'Igbo.

2. A B CH D E F G GBGW H I Ị K KP KW L M N Ń NW NY O Ọ P R S SH T U Ụ V Y Z

3.

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| A | - | AKA, AKỤ | L | - | OLE, ỤLỌ |
| B | - | UBU, IBU | M | - | MMA,MMANỤ |
| CH | - | UCHE, OCHE | N | - | NNU, NKỤ |
| D | - | UDE, EDE | N | - | ANU, ỌNỤ |
| E | - | EGO, EKE | NW | - | ỌNWA, ANWỤ |
| F | - | OFE, UFO | NY | - | ANYA, ỌNYA |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| G | - | OGE, EGO | O | - | OBE, ONI |
| GB | - | IGBE, EGBE | Ọ | - | ỌKỌ, ỌBI |
| GH | - | AGHA, ỌGHỌM | P | - | OP, OPUPU |
| GW | - | AKWA, AGWỤ | R | - | IRE, ORIRE |
| H | - | OHU, IHE | S | - | ASI, ISI |
| I | - | ISE, ISI | SH | - | ISHA, ASHA |
| Ị | - | ỊSỊ, ỊSỤ | T | - | NTU, UTE |
| J | - | NJO, IJE | U | - | UBE, UDU |
| K | - | OKE, ỌKỤ | Ụ | - | ỤTA, ỤTỤ |
| KP | - | AKPA, OKPU | V | - | MVỌ, MVỌPỤ |
| KW | - | OKWU, UKWU | W | - | UWE, MWEPU |
| Y | - | NYỌ, OYIYI | Z | - | ỤZỌ, OZU |

4. Abịdịị Igbo dị iri atọ na isii. Ọ bụ abịdịị Igbo ka e ji emebe okwu. Ọ bụkwa ya ka e ji ede ihe ọ bụla n' Igbo. E kebiri abịdịị Igbo ụzọ abụọ, mgbociume na ụdaume. Ọ bụ n' afọ 1961 ka abịdịị e ji ede Igbo a malitere di wa ire. A na-akpọ ya usoro edemede nke Ọnwụ. Ọ bu onye isi chịkọtara usoro odide abịdịị ugbu a.

5. Otu ndịiche dị n'etiti abịdịị ukwu na nke nta bụ na e ji nnukwu abịdịị were depụta abịdịị ukwu na were obere abịdịị were depụta abịdịị nta.

# YUNIT 2: MGBOCHIUME UDAUME NA MYIRIUDAUME

**Ihe Omume Nke Mbụ**

1. Mgbochiume dị na mkpụrụ abịdịị Igbo dị iri abụọ na asatọ
2. E kebiri mgbochiume ụzọ abụọ.
3. Ụdange dị n'ime mgbochiume bụ ndị a: b,d,f,g,h,j,k,l,m,n,ń,p,r,s,t,v,w,y,z.
4. A na-akpọ ha ụdange n'ihi na ha dịịrị onwe ha. O nweghị mkpụrụedemede e dekọtara ha na ha.

**Ihe Ọmume Nke Abụọ**

1. Ụdaume e nwere n'Igbo bụ ndịa : a,e,I,Ị,o,ọ,u,ụ.
2. E kebiri ụdaume Igbo ụzọ abụọ.
3. Ụdaume arọ niile ma ọ bụ atụ "e" bụ ndịa : e,i,o,u

   A na-akpọ ha ụdaume arọ n'ihi na ha naadị arọ n' onu ge a na-akpọpụta ha.

**Ihe Ọmume Nke Atọ**

**1.** b

**2.** b

**3.** Myiriụdaume abụọ bụ: M na N.

**Nnwale**

1. (a) Ụdamkpi nwere n'Igbo bụ: ch, gb, gh, gw, kp, kw, nw, ny, sh


   (b) A na-akpọ ha ụdamkpi n'ihi na ha gbara mkpị

2. Mgbochiume niile bụ ụdange bụ: b,d,f,g,h,j,k,l,n,ń p, r,p, s,t,v,w,y,z

3. Myiriụdaume abụọ e nwere n' Igbo bụ M na N

**chaatị ndakọrịta ụdaume**

**IHU** **AZỤ**




5. Iwu ndakọrịta ụdaume pụtara ụdaume ịgakọta ọnụ n; ọkwu. Ọ bụrụ an mkpuruokwu ịgbo ebido n'ụdaume si n'otu otu ụdaume dị ka ụdaume (mfe) ma ọ bụ (a) Udaume niile ga-agọ n'okwu ahụ ga abụkwa ụdaume si n' otu mfe, ịma atụ: Aka, ọgụ.

Ma ọbụrụ kwa na -mgkpụrụokwu ahụ biodoro n'udaume otu (e) ma ọ bụ ụdaume arọ ụdaume niile ga-anọ n'okwu ahụ ga-esite n'otu (e)

Ịma atụ: eze na imi.

## YUNIT 3: NDỊỊCHE DỊ N'ETITI MGBOCHIUME NA ỤDAUME

# Ihe Omume Nke Mbụ

1. b

2. Mgbochiume dị iri abụọ na asatọ.

3. Ụdaume dị n' asụsụ Igbo bụ ndị a : a,e,i,ị,o,ọ,u,ụ

**Ihe Omume nke Abụọ**

1. Mgbochiume abụọ nwere ụdaimi bụ m,n,ń nw ,ny

2. A, e, I, ị, o, ọ, u, ụ.

3. Mgbochiume abụọ nwere nụpo n'elu bụ: j na ń

**Nnwale**

1. Ihe na-eme ka mkpọpụta mkpụrụokwu kwe omume n' Igbo bụ Ụdaume

2. Mgbochiume nwere ụdaume bụ ndị a: b,d,f,g,j,k,l,m,n,ń,p,r,s,t,v,w, y, z

3. Ụdaume atọ nwere ntụpọ n;elu bụ: ị, ọ,ụ

4. Ndịiche anọ dị n'etiti mgbochiume na ụdaume bụ ndị a

(a) Mgbochiume dị n' Igbo Izugbe karịrị ụdaume n' ọnụọgụgụ Mgbochiume dị iri abụọ na asatọ ma ụdaume dị naanị asatọ.

(b) Mgbochiumenwere ụdange ma nwekwa ụdaume nwere naanị ụdange.

(ch) Ndịiche ọzọ dị n'etiti mgbochiume na ụdaume bụ na ụdaume na-ebu akara ụdaolu. Ị ma atu: ákwà (cloth) àkwá (egg) mana mgbochiume anaghị ebu akara ụdaolu.

(d) Ndịiche ọzọ bụ na mgbochiume abụọ bụ ntụpọ n'elu. Ha bụ na ń. Mana ụdaume atọ bụ ntụpọ n'ala. Ha bụ ndị a ị, ọ,ụ..

5. Ụdaume abụọ nwere ntụppọ elu bụ ị na i.

**YUNIT 4: NDỊỊCHE DỊ N' ETITI MGBOCHIUME NA MYIRIỤDAUME**

**Ihe Omume Nke Mbụ**

1. Mgbochiume abụọ bu ntụpọ n'elu bụ: j ana ń

2. b.

3. d.

**Nnwale**.

1. Mgbochiume niile e nwere n'Igbo bụ ndị a: b ch d f g gb gh gw h j k kp kw l m n ń nw ny pr r s sh t v w y z.

2. Ha bụ j na ń

3. b.

4. Mma na Mma

5. Ndịiche abụọ dị n'etiti mgbochiume na myiriụdaume bụ ndị a: Nke mụ Myiriụdaume na-ebu akara ụdaolu na mgbochiume anaghị ebu akara ụdaolu ọzọ mgbochiume abụọ na-ebu ntụpọ n'elu. Ha bụ j na ń ma na miriụdaume anaaghị ebu ntụpọ n'elu.

## Yunit 5: USORO E SI EJI MKPỤRỤEDEMEDE EMEBE MKPỤRỤOKWU

**Azịza Ihe Omume**

**1.** Ụdaume na-abụ isi sekpuru ntị na imebe mkpụrụokwu Igbo. Nke a pụtara na ọtụtụ okwu Igbo bidoro n’ụdaume, mgbochiume anaghị ebido na okwu Igbo ma e wezụga myiriịdaume. N’aka nke ọzọ mgbochiume na ụdaume na-ejikọta emebe isingwaa nke dị oke mkpa = na emebe okwu Igbo.

**2.** sị = sịri fu – furu ta = tara zi = ziri kwa = kwuru.

**Nnwale**

**1.** Ụdaume bụ ahụghị ebule ma si elila dike n’ihe gbasara mmepụta mkpụrụokwu Igbo. Nke a pụtara na ụdaume na-abụkarị mbido imirikiti okwu Igbo nke ọma. Ha bụ:

| | |
|---|---|
| a | e |
| ị | i |
| ọ | o |
| ụ | u |

Anyị ga-enye ọmụmaatụ ka a ga-esi eji ha emepụta okwu

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| a | - | a | + | ma | + | ka | = | Amaka |
| ị | - | ị | + | sha | + | | = | Ịsha |
| ọ | - | ọ | + | fụ | + | ma | = | Ọfụma |
| ụ | - | ụ | + | da | + | ra | = | ụdara |
| E | - | e | + | ze | | kwe | = | Ezekwe |
| I | - | i | + | fe | | | = | Ite |
| o | - | o | + | fe | | | = | ofe |
| u | - | u | + | kwe | | | = | ukwe |

2. **Mgbochiume**: Mgbochiume dị oke mkpa na mmebe mkpụrụokwu Igbo. Nke a na-apụatarị ihe na mmebe mkpụrụokwu ndị nwere otu nkeji. N’iji mejupụta nkea mgbochiume na ụdaume na –agako.

**Ọmụmaatụ:**

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| J | + | i | = | ji |
| d | + | i | = | di |
| s | + | I | = | si |
| kw | + | u | = | kwu |
| ny | + | e | = | nye |
| t | + | a | = | ta |

**Isingwaa:** Ngwaa ọ bụla nwere ụmị nke a na-akpọ is ngwaa. Ọ bụ ya na-ewere mgbakwunye na nsokwunye ọ bụla iji meptụ mkpụrụokwu. E nwere ike inwe isingwaa abụọ ma ọ bụ karịa otu ahịrịokwu. Isingwa na-enye aka ebe ọ dị ukwu n iji meptụta mkpụrụ.

| | | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| o | + | di | + | de | | | = | odide |
| e | + | de | + | me | + | de | = | edemede |
| ọ | + | kị | + | rị | + | ka | = | ọkịrịka |
| a | + | hị | + | rị | | | = | ahịrị |
| e | + | ke | + | le | | | = | ekele |

3 (a)

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| e | = | e | + | ri | + | ri | = | eriri |
| a | = | a | + | ka | + | ra | = | akara |
| o | = | o | + | be | + | le | = | obele |
| ụ | = | ụ | + | da | + | ra | = | ụdara |
| u | = | u | + | fe | + | re | = | ufere |

(b)

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| ụ | + | ta | + | ba | | ri | = | ụtaba |
| a | + | ra | + | cha | | ra | = | aracha |
| e | + | de | + | me | + | le | = | edemede |
| ị | + | sha | + | | | ra | = | ịsha |
| ọ | + | rụ | + | | | re | = | ọrụ |
| o | + | hụ | | | | | = | ohu |
| ụ | + | gị | + | nị | | | = | ọgịnị |
| ụ | | gba | + | la | | | = | ụgbala |

**(ch)**

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| o | + | shi | + | mi | | ri | = | oshimiri |
| ọ | + | sị | + | Ta | | ba | = | ọshịtaba |
| e | + | kwu | + | me | | me | = | ekwumekwu |
| e | + | ku | + | Re | + | kwu | = | ekwumekwu |
| o | + | nyi | + | nye | + | | = | onyinye |
| o | + | gwu | + | ma ga | + | na | = | ogwumagana |
| ọ | + | gwa | + | shị | | | = | ọgwashi |
| ọ | + | cha | + | na | + | ja | = | ọchanja |
| a | + | cha | + | Ra | + | | = | achara |
| E | + | nyi | + | M | + | ba | = | Enyimba |

## YUNIT 6: IWU NSUPE OKWU NDỊ A NA-EDEKO ONỤ NA OKWU NDỊ A NA-EDESA EDESA.

**Azịza Ihe Omume**

**Ihe Omume**

1. Okwu ise a na-edesa edesa bụ ndị a

   Mma mma, ọsọ ọsọ, mwoke a, ụlọ ọgwụ, ụlọ akụ.

2. Mkpụrụokwu ise a na-edeko ọnụ bụ ndị a: niile, nwaada, diji, Ụmụnne, Nwadiala.

**Azịza Nnwale**

1. Mkpụrụokwu ndị a na-edeko ọnụ bụ ndị a:

   (i) Nwanne

   (ii) Nnamuohie

   (iii) diji

   (iv) dinta

   (v) diochị

   (vi) Ụwaezuoke

   (vii) Ugoọjị

   (viii) Ụmụnne

   (ix) Oriakụ

   (x) Dimkpa

2. Mkpụrụokwu a na-edesa edesa bụ ndị a:

   (i) Ụlọ akụ

   (ii) Onye nkuzị

   (iii) Umu okorobịa

   (iv) Nwoke a

   (v) Ji a

   (vi) Ọsọ ọsọ

   (vii) Ngwa ngwa

   (viii) Mma mma

   (ix) ọcha ọcha

   (x) ụlọ ọrụ

3. (i) Ha niile

(ii) Ụmụ nwaanyị

(iii) nwoke a

(iv) Ugbu a

(v) Ọsọ ọsọ

(vi) ike ike

(vii) nwaada

(viii) onakụ

(ix) dinta

(x) Umezuruike

**YUNIT 7: NCHỊKỌTA**

**Azịza Ihe Omume**

**Ihe Omume Nke Mbụ**

Ị na-akpọpụta mkpụrụedemede ndị a onye nkụzi gị ga-ahazi ya dị ka o kwesịrị

**Ihe Omume Nke Abụọ**

Mgbochiume Igbo

b ch d f g gb gh gw h j k kp kw I m n n nw ny p r s sh t w y z

Myiriụdaume M na N

Ụdaume: a ị ọ ụ

e i o u

**ihe Omume Nke atọ**

Ụdaume

Ụdaume dị asatọ

Ụdaume na-ebu akaraụdaolu

Mgbochiume

**Ihe Omume Nke anọ**

nne

omume

edemede

**Aziza Nnwale**

1. (a) myiriụdaume = m, n

   (b) ụdaume = e i o u, a ị ọ ụ

   (ch) Mgbochiume gbara mkpị = ch gb gh gw kp kw nw ny sh

2. (a) Ụdaume dị asatọ ebe myiriụdaume dị abụọ

   (b) Ebe ụdaume dị asatọ, mgbochiume dị iri abụọ na asatọ. Ụdaume na-ebu akaraụdaolu ebe mgbochiume anaghị eme nke a

3. mma myọ

   mwe mvọ

   mbe mkpu

   mkpa mgbe

   mfe mpe

   ncha nrọ

   nde nza

   nge ntu

   nsi ngwu

   njem nzu

4. b, p, kp, m, f.

5 (a) mma azụ atụ nzu nkwa

   (b) azịza, amụma, ebere, ọkwụrụ okwukwe

**AZIZA MỌDỤỤL NKE ATỌ**

**YUNIT 1: UDAUME NA ỌRỤ YA N'ASỤSỤ IGBO.**

**Ihe Omume I**

| | A | A | E |
|---|---|---|---|
| b | ị | B | I |
| ch | ọ | ch | O |
| d | ụ | D | U |

**Nnwale**

(a) Ụdaume

(b) Ndị otu 'A'

(ch) Ndị otu 'E'

(d) (i) a-aka, anya, akpa

(ii) ị- ịta, ịga, iri

(iii) ọ - ọcha, ọjọọ, ọma

(iv) ụ - ụlọ, ụtụ, ụdara

(v) e- ego, erimiri, enyi

(vi) i – isi, ise, imi

(vii) o - oke , oche, odo

(viii) u- ute, ume, udu

(e) ị

(f) i

(g) e

(gb) a

(gh) ụ


(gw) u

(h) ọ

(i) o

Chaatị Ụdaume

Lee nke e sere n’elu.



## YUNIT 2: NKOWA NDAKỌRỊTA ỤDAUME NA IWU NA-ACHỊ NSUPE MAKA NDAKORỊTA ỤDAUME.

**Ihe Omume I**

(a) Ndakọrịta ụdaume

(b) Iwu na-achị ịwu nsupe maka ndakọrịta ụdaume

(ch) Ụdaume mfe na ụdaume arọ

**Ihe Omume II**

(a) (i) aka

(ii) akị

(iii) ịta

(iv) ọka

(v) ụlọ

(b) (i) okwu

(ii) elu

(iii) ukwu

(iv) emume

(v) iwu

**Nnwale**

(a) Usoro ngakọ ma ọ bụ ndakọrịta ụdaume ka a na-akpọ ndakọrịta ụdaume.

(b) Iwu sịrị na a ga-esi n'otu ụdaume emebe mkpụrụokwu

(ch) (i) erọ = ero

(ii) ake = aka

(iii) ọchi = ọchị

(iv) azu = azụ

# AZIZA MODUUL NKE ISE

## YUNIT 1: IHE NKEBIOKWU PỤTARA NA NJIRIMARA YA

**AZỊZA IHE OMUME 1:**

1. Nkebiokwu bụ mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa gara n'usoro mana nghọta ya ezughị oke. Ngọta ya ezughị oke n'ihi o nweghị n gwaa.

2. (i) Ụlọ Ọgwụ Aba.

   (ii) Ụmụada anyị

3. (i) Nkebiokwu ga-enwe mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa.

   (ii) Ọ naghị enwe ngwaa.

**AZỊZA NNWALE:**

1. (a) Onye nkuzi

   (ch) Onye ara ahụ

2. Ekwenyeghị m. e nweghị ka o nwee nghọta zuru oke ebe ngwaa adịghị ya. Ọ bụ ngwaa na-enye nghọta zuru oke n'ahịrịokwu.

3. (i) Nghọta nkebiokwu ezughị oke n'ihi na o nweghị ngwaa mana ahịrịokwu nwere nghọta zuru oke nweekwa mmeju.

4. Ihe okwu a pụtara bụ na tupu e nwee nkebiokwu ọ ga-enwe mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa. Sọọsọ otu mkpụrụokwu adịghị emebe nkebiokwu

## YUNIT 2: NKENỤỤDỊ NKEBIOKWU: ỊKỌWAPỤTA IHE NKE Ọ BỤLA N'IME HA PỤTARA.

**AZỊZA IHE OMUME I:**

1.
| | | |
|---|---|---|
| a. | nkebiokwu | keaha |
| b. | nkebiokwu | kenkọwaaha |
| ch. | Nkebiokwu | kenrụaka |
| d. | nkebiokwu | kembuụzọ |
| e. | nkebiokwu | kenjụajụjụ |

2.
| | | |
|---|---|---|
| a. | nkebiokwu | keaha: |

……….Nne Uche

1. b. nkebiokwu kembuụzọ:

.n’uhuruchi

na Suleja

Ch. Nkebiokwu kenkọwaaha:

..Atụrụ Ọcha

.Ụmụ ọma

d. Nkebiokwu kenrụaka:

..ji a

Eze ahụ

e. Nkebiokwu kenjụajụjụ

nwoke ebee?

Anụ gịnị?

3. a. Ndị a

**AZỊZA NNWALE:**

1. Nkebiokwu ke aha- . Ọ bụ mkpọaha mebere ya. Dị ka

   Oche Ada, Na anyị.

   Nkebiokwu kenkọwaaha . Ọ bụ aha na nkọwaaha mebere ya dị ka Ewu ojii

2. Osisi nri ‘ Nke a bụ ọmụmaatụ nkebiokwu kejerọndụ. Ebe a, a na-ahụ otu jerọndụ na otu aha ma ọ bụ karịa n’ahịrịokwu.

   Ọmụmaatụ ndị ọzọ bụ:-

   Odide akwụkwọ

   Okuku nwa

   Ọzịza ajụjụ

3. Nkebiokwu kemkpokọta

4. (ch) N’Aba-

**Yunit 3: IHE MKPỤRỤOKWU NA MỌFỊM NIILE PỤTARA: NJIRIMARA HA:**

**AZỊZA IHE OMUME:**

1. (a) -mkpụrụokwu kwụurụ onwe ya, dịkwa mkpa

2. (d) Ise

3. (ch) Otu

**AZỊZA NNWALE:**

1. Mkpụrụokwu niile bụcha mọfịm mana ọ bụghị mọfịm niile bụcha mkpụrụokwu.

   Ịmaatụ, efere, imi, oke bụ mkpụrụokwu ma bụrụkwa mọfịm, ebe e / rị / la, ri / e bụcha mọfịm n'otu n'otu mana ha abụghị mkpụrụokwu n'onwe ha. A naghịkwa ekeri ha dị ka o siri dị na mọfịm.

2. Mọfịm bụ mkpụrụasụsụ ma ọ bụ nkebi mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụokwu pekarịsịrị na mpe a na-agaghị enwe ike kerie o nwee nghọta.

3. (i) Mọfịm Ndabe / Ntado

   (ii) Mọfịm Nnọọrọonwe.

   (iii) Mọfịm Nnoọrọonwe

   Nke a bụ ụdị nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma nwee nghọta zuru oke. Ha na-abụ mkpụrụokwu nke mere e ji achọ mpụtara ha n'ọkọwaokwu. Ha anaghị enwe nghọta ma e kewaa ha ekewaa.

**ỌMỤMAATỤ:**

akwụkwọ, e nweghị nghọta ma e kerisie ya

4. Otu ndiiche bụ na mkpụrụokwu niile bụcha mọfịm mana ọ bụghị mọfịm niile bụcha mkpụrụokwu.

**YUNIT 4: NKEBIAHỊRỊ NA NJIRIMARA YA**

**AZỊZA**

**IHE OMUME:**

1. Nkebiahịrị bụ mkpụrụokwu ole na ole no n'usoro nwere ngwaa na nghọta. Nghọta ya ezuchaghị oke n'ihi ọ chọrọ mmejupụta

2. Ọmụmaatụ abụọ ya:-

   i. Ọ sịrị

   ii. O kwuru

3. i. Ọ na-enwe ngwaa

   ii. Ọ na-acho mmejupụta

**AZỊZA NNWALE:**

1. (a) Ndị ahụ biara

2. (b) Ọ maara na o jighị ego

3. (d) O nweghị

4. (a) i – nke biokwu anaghị enwe ngwaa

ii - Ọ naghị enwe nghọta zuru oke

(b) i - nkebiahịrị na-enwe ngwaa

ii - Ọ na-achọ mmeju.

**YUNIT 5: NKENỤỤDỊ NKEBIAHỊRỊ NA ỌMỤMAATỤ HA.**

**AZỊZA IHE OMUME:**

i. Nkebiahịrị keaha

ii. Nkebiahịrị kenkọwa

iii. Nkebiahịrị kenkwuwa

2.

i. Nkebiahịrị keaha:-

(a) Nne m sịrị na <u>ya ga-esi ofe.</u>

(b) Nwoke ahụ kpebiri na <u>ọ gaghị alụ nwaanyị</u>

ii. Nkebiahịrị kenkọwa:-

(a) Ụmụ akwụkwọ ahụ <u>lụrụ ọgụ</u> alaala.
(b) Nwa Maazị Njokụ ahụ <u>zuru ohi ụgbọala</u> agaala mkpọrọ

iii. Nkebiahịrị kenkwuwa:-

(a) bịara <u>tupu anyị ericha nri</u>
(b) Ọ ga-abịa <u>ma a kpọọ ya.</u>

3.
(ch) O kwuru na ọ ga-eme ya

**AZỊZA NNWALE:**

1. Nkebiahịrị keaha - E ji mkpọaha emebe ya n'ahịrịokwu, ya mere njụajụjụ.

(a) 'gịnị' ji anọchi anya

Nkebiahịrị kenkọwa - ọ na -akọwa aha nọ n'ime ahịrịokwu ahụ.

2. (b) Gịnị?

3. Nkebiahịrị kenkwuwa

4. (a) Gịnị?

**YUNIT 6: IHE AHỊRỊOKWU PỤTARA NA NJIRIMARA YA**

**AZỊZA IHE OMUME 1:**

1. Ihe nwere ike ime ka mkpụrụokwu ole na ole dị n'usoro ghara ịbụ ahịrịokwu bụ mgbe mkpụrụokwu ndị ahụ na-enweghị ngwaa na nghọta zuru oke.

2. Ọ bụ ahịrịmkpụrụokwu ma ọ bụ ahịrịokwu otu mkpụrụokwu.

3. Ụ dị mkpụrụokwu nwere ike ịbu ahịrịmkpụrụokwu ma ọ bụ ahịrịokwu otu mkpụrụokwu bụ nke bụ ngwaa ma ọ bụ nke nghọta ngwaa.

**AZỊZA IHE OMUME II**

1. Ndezi ahịrịokwu ndị a n'usoro ahịrịokwu Igbo

   a. Okoro riri nri

   b. Ada na Nwanne ya bịara ebe a.

**AZỊZA NNWALE:**

1. ahịrịokwu bụ mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụokwu ole na ole nọ n'usoro kwesịrị ekwesi ma nwee ngwaa na nghọta zuru oke.

2. ahịrịmkpụrụokwu bụ otu mkpụrụokwu nwere ike ịbụ ngwaa ma ọ bụkwanụ nke na-abughị ngwaa ma na nghọta ngwaa dị n'ime ya.

3. ahịrịmkpụrụokwu bụ otu mkpụrụokwu nwere ike ịbụ ngwaa ma ọ bụkwanụ nke na-abụghị ngwaa ma na nghọta ngwaa dị n'ime ya.

4. Njirimara ahịrịokwu atọ m maara bụ na:

   a. Ahịrịokwu ọ bụla ga-enwerịrị mkpụrụokwu mebere ya.

   b. Ahịrịokwu ga-enwerịrị usoro dị nma ọ ga-agbaso.

   ch. Ahịrịokwu ga-enwerịrị nghọta zuru oke.

**YUNIT 7: UDỊ AHỊRỊOKWU DỊ ICHE ICHE: NKỌWA AHỊRỊMFE**

**AZỊZA IHE OMUME:**

1. a. Anyị riri nri

b. Ada gara ahịa

2. Ngwaa ndị dị n'ahịrịmfe abụọ dị na (i) gụnyere 'riri' na 'gara'

3. Otu ahịrịokwu na-egosipụta ahịrịokwu bụ: Ihe dị mma na anya bụ nwanne.

4. Ihe dị iche na ahịrịokwu na ahịrimgbagwo bụ na ahịrịokwu bụ ahịrịokwu nwere isi nkebiahịrị na otu nkebiahịrị ndabere ma ọ bụ karịa.

**AZỊZA IHE OMUME**

1. a. Anyị riri nri

   b. Ada gara ahịa

2. Ngwaa ndị di n'ahịrịmfe abụọ dị na (i) gunyere 'riri' na 'gara' .

3. Otu ahịrịokwu na-egosiputa ahịrịokwu bụ: ihe dị mma na naya bụ nwanne.

4. Ihe dị iche iche na ahịrịokwu na ahịrịmgbagwo bụ na ahịrịmgbagwo bụ oke nwere otu isi nkebiahịrị ndabere ma ọ bụ nke nwere otu isi nkebiahịrị ndabere ma ọ bụ karịa .

**AZỊZA NNWALE**

1. a. Okere tiri mkpu.

   b. Nnadị kwuru okwu

2. a. Ọ gwara ha na ọ ga-abịa

   b. Ụjọ atụghị ndị nkụzi ya mgbe ọ na –ele ule WAEC ya.

3. a. Ahịrịmfe bụ ahịrịokwu na-enwe naanị otu ngwaana otu echiche ebe ahịrịokwu bụ ahịrịokwu na –enwe isi nkebiahịrị abụọ nke njikọ na –ejikota.

4. Ụdị ahịrịokwu 'gwe bụ ike' dabara nay a bụ ahịrịmfe.

## YUNIT 8: NCHỊKỌTA MODUUL 5

**AZỊZA IHE OMUME 1**

1. Ahịrịntimkpu bụ ahịrịokwu na-egosịpụta ihe na-eme na atụghị anya ya ma ọ bụ ihe gbara mmadu gharịị.

2. Ewo! ọ bụ ka ụwa dị !

3. Ahịrịnkwe bụ ahịrịokwu na-egosịpụta nkwenye n'ihe a na-ekwu maka ya

4. Ihe a na etinye na ngwụcha ahịrịokwu iji gosịpụta ahịrịntimkpu nu akaramkpu.

**AZỊZA IHE OMUME II**

1. Ahịrịnju bụ ahịrịokwu na-eziputa na mmadụ ekwenyeghị n'ihe a na-ekwu maka ya.

2. Ada agaghị eje Aba.

3. Ihe dị iche n' ahịrịnkwe na ahịrịnjụ bụ na aghịrịnkwe na-ekwenye n'ihe a na-ekwu maka ya, ebe ahịrịnjụ bụ ahịrịokwu na ezipụta na mmadụ ekwenyeghị na ihe a na –ekwu maka ya . Ahịrịnkwe bụ ntụgharị ahirịnjụ.

**AZỊZA NNWALE:**

1 a. Ụnụ ahụkwala ihe m jekwutere – e!

b. Anwụọla m-o!

2. a. Aga m abịa echi

b. Ọ dị MMA.

3. Ndịiche dị n'etiti ahịrịnkwe na ahịrinju bụ na ahịrinkwe na-ekwenye n'ihe a na-ekwu maka y aebe ahịrịnju bụ na ahịrịokwu na-ezipụta na onye a na-agwa oku ekwenyeghị na ihe a na-ekwu maka ya.

4. Ahịrịokwu a bụ ahịrịnju.

**YUNIT 9: ỊKỌWAPỤTA IHE AHỊRỊNCHỌ, AHỊRỊNTIMIWU NA AHỊRỊNHA PỤTARA.**

**AZỊZA IHE OMUME 1:**

1. (a) ka chị bọọ (Ahịrịnchọ)

(b) Buru ya eburu banye n'ime ụlọ ozugbo (Ahịrịntimiwu)

2. A na-ejikarị 'Ka' na-ezipụta ahịrịnchọ.

3. Ụdị abụọ e nwere ike inwe n'ahịrịntimiwu bụ nke nkwe na,njụ.

**AZỊZA IHE OMUME 2:**

1. Otu nne mụrụ mana ọ bụghị otu chi kere,

2. Ihe mere ka ahịrịnha ji pụọ iche n' ahịrịokwu ndị ọzọ bụ na ahịrịokwu abụọ zuru oke nọ n'otu ahịrịokwu.

3. Ahirịnha bụ ahịrịokwu abụọ zuru oke nọ n'otu ahịrịokwu.

**AZỊZA NNWALE:**

1. (a) Ka ndị nke gị fee gị dị ka ị fere m

2. (a) Pụọ ebe a ugbua.

(b) Rie ya ọsọ ọsọ.

3. (a) Obịbịa ha eruola ma akwadebeghịm.

(b) Jide nke gị ka o jide nke ya.

4. Ihe dị iche n'ahịrịnchọ na adịrịtimiwu bụ na ahịrịnchọ na-egosịpụta ihe onye na-ekwu okwu chọrọ ka ọmee ebe ahịrịintimiwu na-enye ka e mee ihe ọ chọrọ ka ọ mee ebe ihe ọchọrọ ka e mee.

5. Ihe mere ahịrịnha ji dị iche n' ahịrịokwu ndị ọzọ bụ na ahịrịnha bụ ahịrịokwu abụọ zuru oke oke nọ n'otu ahịrịokwu.

**YUNIT 10: NCHỊKỌTA MODUUL 5**

**AZỊZA IHE ỌMUME I:**

1. Nkeniokwu bụ mkpụrụokwu ole na ole echiche di na ya na-ezughị oke.

2. Mkpụrụokwu bụ otu mkpụrụasụsụ ma ọ bụ karịa, kwụrụ onyw ya ma nweekwa nghọta.

3. Mọfịm bụmkpụrụasusụ ma ọ bụ nkeni mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpụrụịokwu pekarịsịrị mpe nke nwere nghọta n'onwe ya.

**AZỊZAIHE OMUME II:**

1. Nkeniahịrị bụ mkpụrụokwu ole na ole dị n'usoro kwesịrị ekwesị ma nwee ngwaa na nghọta zuru oke.

2. Njirimara ahịrịokwu atọ m mara gụnyere:

(a) Ihe mebere ahịrịokwu ga-abụrịrị mkpụrụokwu.

(b) Ahịrịokwu ga-enweriri nghọta zuru oke.

(ch) Ahịrịokwu ga-enwerịrị usoro.

3. Otu ihe dị iche n'etiti nkebiokwu na ahịrịokwu bụ na ahịrịokwu na –enwe nghọta zuru oke ma nweekwa ngwaa mana nkebiokwu anaghị enwe ngwaa. Ọ naghị enekwa nghọta zuru oke.

4. Ha gụnyere:

(a) Ahịrịmfe - Anyị gara ahịa

(b) Ahịrịnjụ - Uche kwere nkwa na ya ga-alọghachite ma na lọghachite

**AZỊZA NNWALE:**

1. Ndịiche dị n’etiti mkpụrụokwu na mọfịm bụ na mkpụrụokwu niile bụ mọfim mana ọ bụghị mọfim niile bụcha mkpụrụokwu.

2. Ụdị ahịrịokwu ndị m maara gụnyere.

    (a) Ahịrịmfe - O kwuru okwu

    (b) Ahịrịnjụ - Agaghị m eri nri ahụ

    (ch) Ahịrịnkwe - Ọ bịara abịa

3. Ụdị nkebihịrị kenkọwaha

(i) Nkebiahịrị nkeaha

(ii) Nkebiahịrị kenkwuwa.

4. Ndịiche dị n’etiti mkebịahịrị na ahịrịokwu bụ na nkebiahịrị bụ mkpụrụokwu ole na ole dị n’usoro kwesịrị ekwesị nwere ngwaa na nghọta mana nghọta ya ezughị oke ebe ahịrịokwu bụ mkpụrụokwu ole na ole nọ n’usoro kwesịrị ekwesị ma nwee ngwaa na nghọta zuru oke.

## AZIZA MODUUL NKE ISII

**UNIT 1: AHA NA NKENỤỤDI AHA: AHAAKA, AHAIZUGBE, AHAOTU, AHAUCHE, AHANGỤTA, NA AHAAGỤTAGHỊ, NJIRIMARA AHA.**

**IHE OMUME I:**

1. Aha bụ ihe a na-akpọ mmadụ ebema bụ obodo ma ọ bụ ihe ọ bụla ọzọ dị n’ uwa.

2. Aha di n’ime Mkpọaha.

3. Nkekiasụsụ bụnkeji di iche iche dị n’ụtọasụsụ, nke na –egosi ọrụ mkpụrụokwu ọ bụla na-arụ n’ahịrịokwu.

4. Nkenụụdị nkejiasụsụ bụ:

(a) Nkpọaha

(b) Nkọwaaha

(c) Ngwaa

(d) Njikọ

(e) Mbuụzọ

(f) Mgbakunye na Nsokwunye

**IHE OMUME II:**

1. Ahauche atọ bụ:- Ịhunnaya, obi aṅuri, udo

2 (a) Ihunanaya:- Enwere m Ịhunanya n'ebe Ị nọ.

(b) O nyere m obi aṅurị

(ch) Enwere m udo

3. Otu ọmụmaatụ ahguta bụ: mmadụ

4. Otu ọmụmaatụ ahagụtaghị bụ: nnu

**NNWALE:**

1. Aha dị mkpa n'asụsụ n'ihi na mmadụ kwesiri ima aha ndị mmadụ na ihe dị iche ka ghọtahie na nsoghu hapụ idị.

2. Ndịịche dị n'etiti ahaaka na ahauche bụ na ahaaka bụ aha na-ahụ anya mana anaghị ahụ ahuche. A na-eji mkpụrụedemede ukwu ebido ahaaka mana a naghị eji mkpụrụedemede ukwu ebido ahauche.

3. Ahanguta bụ aha a na-agụta agụta mana anaghị agụta ahhagutaghi agụta.

4. Ahauche abuọ bụ (i) Okwukwe (ii) mmegbu.

## Yunit 2 : NKỌWA IHE NNOCHIAHA PỤTARA, NA ỌRU NNỌCHIAHA N'AHIRIOKWU.

**IHE OMUME I:**

1. Nnọchiaha bụ okwu na-anọchi aha n'ahịrịokwu kama a ga-akpọ ya ugboro ugboro iji hu na ahịrịokwu gara were were n'onu ma tọọ ụtọ na ntị.

2. Nkenụụdị nnọchiaha bụ ndị a

(a) Nnọchionye (nnọchiaha aka)

(b) Nnochimpesin

(ch) Nnọchinke aka; nnọchịaha mmetụta, nnọchịaha nwere, nnọchiaha nlọazụ/nzereume.

**3. ỌMỤMAATỤ NNỌCHIAHA NDỊA**

a. Nnochionye (nnochiaha aka): M/mu: anyị, gị, ị, i, ha.

b. Nnọchimpesin: a, e.

ch. Nnọchinke:- Nnọchiaha mmetụta:

Ọ bụ akwụkwọ m, Nnọchiaha onwe: Ọ bụ nke m, Nnọchiaha nlọazụ / nzereume:- Ọ rụrụ ọrụ ahụ n'onwe ya.

**IHE OMUME II:**

1. Ọrụ 'Nnọchiaha' n'ahịrịokwu bụ:-

   a. 'Inọchi' aha n'ahịrịokwu. Ọmụmaatụ:- Okeke riri nri = O riri nri.

   Nnọchiaha, 'O' nochiri aha bu Okeke.

   b. Ịru ọrụ ihe aha na-aru.

**2. Njirimara nnọchiaha bụ:**

   a. Ọ na-anọchi aha

   b. Ọ na-anọ na mkpoolu na kwa n'ụbara

   ch. Ọ na-agbaso ndakọrita ụdaume

   d. Nnụchionye na nnọchimpesin na-akwụrụ onwe ha n'ahịrịokwu.

**AZỊZA NNWALE:**

1. Ndịiche dị n'etiti 'aha' na 'nnọchiaha' bụ na:

   a. Ana bụ njirimara ihe ọ bụla mana nnọchiaha na-anọchi aha e jiri mara ihe ọ bụla.

   b. A na-ejikari mkpụrụedemede ukwu ebido aha aka n'agbanyeghị ebe ọ bụ n'ahịrịokwu mana a na-eji mkpụrụedemede nta ebido annọchiaha ọ bụla di n'ime ahịriokwu sọọso ma o bidoro ahịrịokwu ahụ

   ch. Aha anaghị agbaso ndakọrita ụdaume mana nnọchiaha ndị ụfọdụ na-agbaso ndakọrita ụdaume.

2. Iji kọwaa ihe bụ nnọchiaha, lee ahịrịokwu anọ ndị a:

   a. Obi bụ nwanne m nwoke

   b. O bi n'Aba

   ch. Ọ bịara ebe a n'izu ụka gara aga.

   d. O ga-abiakwa ọzọ n'izu ụka na-abịanụ. Na nkọwa, 'Obi' nọ n'ahịrịokwu nke mbu bụ 'aha' ebe 'o', 'o' na 'o' dicha n'ahịrịokwu nke abụọ ruo na nke anọ bụcha nnọchiaha nọchiri 'aha' bụ 'Obi'.

3. Nnọchionye niile e nwere n'asụsụ Igbo bụ: M/mụ, anyị, gị / ị / i / unụ/ ya/o/o/na ha.

4. Nnọchimpesin ndị e nwere na ọmụmaatụ ha n'ahịrịokwụ bụ:

a. ‘A’:- A kụrụ ekwe n’ụtụtụ

b. ‘E’ :- E tiri mkpu ugbu a.

**YUNIT 3: ỌNỤOGỤGỤ**

**IHE OMUME I:**

1. otu
2. abụọ
3. atọ
4. anọ
5. ise
6. isii
7. asaa
8. asatọ
9. itoolu
10. iri
11. iri na otu
12. iri na abụọ
13. iri na atọ
14. iri na anọ
15. iri na ise
16. iri na isii
17. iri na asaa
18. iri na asatọ
19. iri na itoolu
20. iri abụọ

**IHE OMUME II:**

1. 29 Iri abụọ na itoolu
2. 905 Narị itoolu, na ise
3. 5,100 puku ise na otu narị
4. Ten thousand, two hundred: Puku iri na narị abụọ
5. One million: otu nde

**NNWALE:**

1.

| | | |
|---|---|---|
| a. | 9th | nke / onye itoolu |
| b. | 56th | nke / onye iri ise na isii |
| ch. | 103rd | nke / onye otu narị na atọ |
| d. | 922nd | nke / onye narị itoolu, iri abụọ na abụọ |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | e. | 2000th | nke / onye puku abụọ |
| 2. | a. | 1/2 | ọkara ma ọ bụ otu n'ime abụọ |
| | b. | 2/3 | abụọ n'ime atọ |
| | ch. | 5/7 | ise n'ime asaa |
| | d. | 313/571 | narị atọ na iri na atọ n'ime narị ise na iri na otu. |
| | e. | 414/707 | narị anọ na iri na anọ n'ime narị asaa na asaa. |
| 3. | 567 +789 bụ: | | otu puku narị atọ na iri ise na isii (1,356) |
| 4. | 2345 - 1245 bụ: | | otu puku na otu narị (1,100). |

## YUNIT 4: NGWAA NA NGWAA: OMEKANGWA MFINITIIVU, NNYEMAKANGWAA NA JERỌNDỤ.

**IHE OMUME I:**

1. Ngwa bụ okwu ndị na-egosi ihe ndỊ na-eme n'ahịrịokwu.
2. Ihe ndị mejụpụtara ngwa bụ: ngwaa, nnyenakangwaa, omekangwaa, mfinitiivu na jerọndụ.

**IHE OMUME II:**

1. gaa : O jiri ya gaa ebe ahụ.
2. jewe : Jewe ahịa ugbu a.
3. kwuo : Kwuo, ka m nụ
4. riri : O riri nri.
5. mee : Mee ya ugbu a.

**NNWALE:**

1. na : Ọ na-abịa
2. esi : Ọ na-esi nri
3. oriri : Anyị nwere oriri taa.
4. ije : Achọrọ m ije ahịa
5. chọrọ : Ị chọrọ iso m?

**Yunit 5: NCHIKỌTA MODUUL 6**

**AZỊZA IHE OMUME:**

i. Aha bụ ihe a na-akpọ ihe niile dị n'elu uwa tinyere mmadụ.

ii. E nwere ahaaka, ahaizugbe, anaotu, ahauche, ahangụta na ahaagụta.

iii. Ha na-eme ka mkpọpụta ọnụọgụ ihe n'Igbo dị mfe dị werewere nwee nghọta karịa nke ochie.

iv. Ngwaa bụ ('nnu') ya bụ nkejiasụsụ na-eweta nghọta na uche zuru oke n'ahịrịokwu.

v. Mgbakwunye bụ mkpụrụasụsụ ma ọ bụ nkeji mkpụrụokwu a na-etinye na ngwaa ka o nwekwo nghọta ọzọ. E nwere nganiru, nsonazụ na nnọnetiti.

di ka o ri (nganiru)

rikwa (nsonazụ)

eri m eri (nnọnetiti)

vi. Nsokwunye bụ nkeji mkpụrụokwu ndị a na-etinye iji gbatịa mkpụrụokwu ma ọ bụ ahịrịokwu dị ka Mmadụ ga nọ ebe a

Onye di bịara ebe a?

**AZỊZA NNWALE:**

a. Aha ihe niile ahụ bụ nkejiasụsụ

b. Nkọwaaha na-akọwa aha ma nnọchiaha bụ ihe na-anọchi anya aha.

ch. URU ọ bara bụ na ọ na-enye aka ịmara mkpụrụokwu ọ bụla na ọrụ nke ọ bụla nke ọma na-emebe ahịrịokwu ọ bụla nke ọma.

d. Ntimkpu bụ ihe e tiri mgbe ihe mberede mere. A na-eji akara ntimkpu ede ya dị ka: Ewo! Njụajụjụ bụ mmadụ iju ajụjụ n'ihe ọ ghọtaghị. A na-eji njụajụjụ ede ya dị ka:

onye no ebe a?

**AZIZA MODUUL NKE ASAA**

**YUNIT 1: 'NA' DỊ KA MBUỤZỌ**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE**:

**IHE OMUME I:**

n'Aba

n'Elu

n'ikem

n’ikipụta

n’obe

n’ọba akwụkwọ

n’ule ngwụcha

n’ụbọchị.

**IHE OMUME II:**

1. a. Ada bụrụ abụ nụlọ uka

   b. ndị ụwe ojii jidere ya *n*’elezighị anya

   ch. Adamu ji ọsọ mabanye *na* moto

   d. Ụgbọala ahụ ga-akwụsị *na* Mkpa

2. a. B: Ada bi na Nsụka

   b. A: Ha jere ahịa n’isi ụtụtụ

   ch. B: Atughị m anya ụnụ n’abalị a

**AZỊZA NNWALE**

1. Mbuụzọ bụ otu n’ime nkejiasụsụ Igbo. A na-ahụ ya n’ahịrịokwu. Sọ (na) bụ mbuụzọ Igbo. A na-ede ya n’ụdị abụọ -(n’) na (na). Mbuụzọ na - ebutere mkpọaha, mfimitiivu na okwu ndị ọzọ ga ụzọ.

2. A na-ede (na) n’ụdị abụọ ndị a:-

   (n’): Ha bi n’Aba.

   Ọ lụrụ di n’Ogoja.

   (na): O jere Abia na Kano.

   A chụpurụ ya na Mahadum Nsuka.

3. i. Ha gburu azu n’ime mmiri

   ii. O tinyere aka n’ofe

   iii. Dike mabara na moto

   iv. Ha gburu azụ na mmiri

4. i. Ọ na-agbalị n’ụlọ akwụkwọ.

   ii. O gburu azụ na mmiri

**YUNIT 2: ‘NA DỊ KA ISINGWAA NA NNYEMAKANGWAA’**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

**IHE OMUME I:**

i. narala
ii. napụtara
iii. napụtachaa
iv. nagidere
v. nabata.

**IHE OMUME II:**

i. Akarauhie na-ejikọ ‘na’ na ngwa ọ na-enyere aka.
Ọmụmaatụ: (na) - ebe
(na) - agba oso

ii. (a) Ndị nne na-ahụ ụmụ ha n’anya.

(b) Ụnụ na-eriju afọ.

(ch) Ada na-adakarị ule

(d) Anyị na-ahịa.

**IHE OMUME III:**

Ụfọdụ ahịrịokwu e nwere ike ịgụpụta gụnyere:-

i. Ndị ohi napụrụ ya ego ya
Ndị omekome natara ya ụgbọala ya.
Ndị omekome naara ya akpa ya.
ii. Anyị na-eje mmiri
Ụnụ na-esi mmiri.
Ekemma na-awufu mmiri.
Ụnụ na-eche mmiri
Anyị na-aṅu mmiri

**AZỊZA NNWALE:**

a. ‘Na’ dị ka isingwaa:
ia: nara, nabata

b. ‘Na’ dị ka nnyemakangwaa.

ia: na-echu, na-ejeru

2. i. Dike na- achọkarị okwu (nnyemakangwaa)

ii. Biko! Napụ m ego a (Isingwa)

iii. Ada na-abịa ria be anyị kwa mgbe (nnyemakangwaa)

3. Ndezi ahịrỊokwu:

i. Ndị nkuzi na-apịakarị ihe

ii. Ha napụrụ ya ego ya n'ike.

iii. Ọ na- aga ọrụ

iv. Anyị anaghị ahụ ya mgbe dum.

4. Uru 'na':

(i) Site n' Isingwaa na', ka okwu ndị ọzọ si amụba:

Ọmụmaatụ: na + pụ = napụ

na + ra = nara

na + ra + la = narala.

'Na' dị ka nnyemakangwaa, na-eme ka ahịrịokwu zue oke

Ọmụmaatu: Ha.............. eje nkụ ======= Ha na - eje nkụ.

**YUNIT 3: 'NA DỊ KA NJIKỌ'**

**AZỊZA IHE OMUME I:**

1. (a) Okwu na okwu.

Dike *na* Chinyere

Ite *na* mmiri

(b) ahịrịokwu na ibe ya:

Ha sịrị *na* ọ nwụọla

Echeghị m *na* ọ ma ihe

**IHE OMUME II:**

(a) mmụọ na mmadụ

ọnwụ na ndụ.

(b) Ihe ọgaranya na ụmụ ogbenye

(ch) Ada ekwerela na ọ ga-alụ di

Ama m na ị nọ ya.

**AZỊZA NNWALE:**

1. 'Na' na-eme ka okwu dị nke nke.

‘Na’ na-enye aka n’ịchịkọlata uche dịga n’ahịrỊokwu ọnụ.

2. a. O chere *na* m ga- abịa.

   b. Achọghị m ihuzi gị *na* Dike

   ch. Ọ rigooro n’elu mgbidi anyị *na* ha.

   d. Ọ dịghị onye ma *na* o zuru ohi na Bende.

3. i. O tiri mkpu *na* a kụrụ ya ihe

   ii. Ndị ukwu *na* ndị nta ka a chọrọ

   iii. Na ọ mụtaghị nwa na- ewute dị ya.

   iv. O zụrụ ewu *na* atụrọ n’ahịa

4. a. Ada *na* nne ya alaala

   b. Ndị ukwu *na* ndị nta ga-abịa cha.

**Yunit 4: ‘GA’ DỊ KA ISINGWAA NA NNYEMAKANGWAA’**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE**

**IHE OMUME I:**

gabiga
gatụ
garuola
gafeela
gawala

**IHE OMUME II:**

i. Isingwaa: Ada gara nkụ
(GA+) Ụnụ gara ubi ụnyaahụ.
Onye isi gahiere ụzọ.

ii. nnyemakangwaa:
‘Ga’ Adamu ga-ata suya
Ụnụ ga-akpata nkụ n’ubi
Onye isi ga agahie ụzọ

iii. nnyemakangwaa na-enweghị akarauhie:
M gaghị aba mba
Ụnụ agaghị ahu m anya
Aga m ata anụ.
Agaghị ha ezukwa ohi ọzọ

**AZỊZA NNWALE:**

1. a. 'Ga' bụ isingwaa, okwu ụfọdụ si na ya pụta, mubaa mkpụrụokwu.

   b. Igbo. 'Ga' na-ezi tensị ndịniihu.

2. i. Ọ *gara* nkụ. (isingwaa)

   Ii Ụnụ *ga-echu* mmiri. (nnyemakangwaa)

   iii. Ndị egwu *ga-eje* Bini. (nnyemakangwaa)

   iv. Onye ọrụ aghụghọ *agaghị* eri ụgwọ. (nnyemakangwaa).

3. i. Ụnụ *ga-aga* Umuhu n'ụtụtụ echi.

   ii. Ụnụ *gara* Bende na mgbede ụnyaahụ.

   iii. Adaaku *ga-ada* ule n'ihi amaghị ihe.

   iv. Ụmu akwụkwọ *ga-ala* ma ha mechie (ụlọ akwụkwọ).

4. i. Ọ *gaghị* aga njem?

   ii. M *gaghị* eri ihe?

## YUNIT 5: 'GA' NA 'NA' NA-ARỤ ỌRỤ DỊ KA NNYEMAKANGWAA NA ISINGWAA.

**AZỊZA**

**IHE OMUME I:**

(Nyemakangwaa):

i. (ga-) Ha ga-eje ahịa.
Uchechi ga-amụta ihe

(na-) Ndị obodo na-agọ mụọ.
Anyị na-azụ ahịa.

**IHE OMUME II:**

(Isingwaa): 'na + pụta = napụta: Ọ chọrọ ka a *napụta* ya n'ọnwụ.

(na -) na + gide = nagide: Aga m *anagide* ọnọdụ a.

(ga-) ga + ruru = garuru: ọ garuru Aba n'oge.

ga + fuola = *gafuola*: Ewu ahụ *agafuola*

**AZỊZA NNWALE:**

1. a. Ụnụ *ga-arụsi* ọrụ ike

   Ndị Igbo *ga-agba* mbọ hụ onwe ha *nanya*.

   b. Ụnụ na-arụsi ọrụ ike

   Ndị Igbo na-agba mbọ ịhụ onwe ha *nanya*.

2. a. Adamma *gabigara* ọtụtụ ihe

   Ha *gawara* Nsuka

   b. Adamma *nagidere* ọtụtụ ọnọdụ

   Uche *naara* ya ego ya.

3. i. Ụnụ *gaje* ahịa

   ii. Ada *ga-aga* nkụ

   iii. Ha *na-anabata* mmadụ

   iv. Dike *gara* Aba.

4. i. Ụnụ *na-ejeozi*. (nnyemakangwaa).

   ii. Anyị *gafere* na nke ha. (isingwaa).

**YUNIT 6: 'GA' NA 'NA' NA ARỤ ỌRỤ DỊ KA MFINITIIVU NA MGBAKWUNYE.**

**AZỊZA**

**IHE OMUME I:**

1. ''Ị'' na ''i''

2. Achọrọ m *ịga* ozi ahụ

3. Anyị *mega* ihe a gwara anyị m.

**IHE OMUME II:**

1. (a) Ha chọrọ *ịna* ya ego ya.

   (b) Jane jere *ịnara* ụgwọ ọrụ ya.

2. (a) Nwaanyị ahụ abia*na* ọzọ

   (b) Biko enye*na* anyị nsogbu.

**AZỊZA NNWALE:**

1. (a) Adaezena-akwado *ịga* mmiri

(b) Olee ebe ụnụ *chọrọ* ịga?

2. (a) Ha te*ga* / ri*ga* elu osisi.

(b) Ụnụ me*ga* gịnị?

3. (a) Ọ chọrọ ị*na* ụgwọ ọrụ ya

(b) Anyị niile chọrọ ị*na*ta amara Chineke.

4. (a) Ụnụ eri*na* ihe ọ bụla ebe ahụ.

(b) Ụnụ ekwe*na* ka ha merie ụnụ.

5. Mgbe ‘’GA’’ na ‘’Na’’ na-arụ ọrụ di ka mgbakunye, a na-edekọta ha na isingwaa ha soga ọnụ.

**YUNIT 7: NCHỊKỌTA MODUUL 7**

**NCHỊKỌTA AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

**IHE OMUME I:**

Osa bi *n*’osisi

Azụ dị *na* nkata

Nna m bi *na* Legọsị

**IHE OMUME II:**

Anyị *gara* ahịa

Ụnụ ga-abịa echi

Ụnụ *na*-ata akụ

Okoro chọrọ *ịga* ubi

Ọ chọrọ *ịnara* ha ọka.

**IHE OMUME III:**

1. Ọgwụ a na-elu ilu dị ka onugbu
2. Ada na nwanne ya gbaga ọsọ dị ka ele.

**IHE OMUME IV:**

Nwoke a *adika* ogologo

Ofe a *adika* ụtọ.

**IHE OMUME V:**

i. (a) Mmiri nke afọ a *ezoka*

(b) Nwata nwaanyị ahụ *epeka* mpe

ii. (a) Mgbakwunye

(b) Nsokwunye

**IHE OMUME VI**

Anyị ga –*esokwa* ja agba ọsọ

O mere mkpụmkpụ ma *dịkwa* ogologo

Ị *meka* ka onye maara ihe

O *kwuka* okwu ọjọọ.

**AZIZA MODUUL NKE ASATO**

**YUNIT I: IHE EDEMEDE PỤTARA NA NKENỤỤDỊ EDEMEDE**

**AZỊZA AJỤJỤ**

**IHE OMUME I:**

a. Ihe edemede jiri kara ngalaba ndị ọzọ mkpa bụ na a na-esite nay a mara ma onye ahụ ọ nwere ike ịkọwa onwe ya nke ọma n’asụsụ ahụ. Edemede bụ echiche mmadụ deturu n’akwụkwọ ka onye ọ masiri gụọ.

**IHE OMUME II:**

Ọmumaatụ nkenụụdị edemede ndị a bụ:

a. Edemede Nkọwasi: Otu e si ewu ụlọ n’ala m.

b. Edemede ilu: Nke dị na mba ga-egheere ha nri.

ch. Edemede mgbagha: Ụmụ nwoke ka mkpa n’ezi na ụlọ

karịa ụmụ nwaanyị. I kwere nke a?

edemede leta: Deere onye isi ụlọ ọrụ unu leta gwa ya na ị gaghị abịa ọrụ taa.

**NNWALE:**

Edemede bụ ihe ọ bụla mmadụ chepụtara, ma detuo ya ka onye ọ bụla ọ masiri gụọ.

2. a. Edemede ilu: E jighị oke iwe esu ụlọ ọkụ.

b. Edemede mkparịtaụka: Depụta mkparịta ụka dị n’etiti ụmụ nwaanyị abụọ gbasara oke ọnụ ahịa ihe oriri na-ada taa.

ch. Edemede Akọmakọ: Otu njem na-enyekarị ma obi ụto mgbe ọ bụla m chetara ya.

3. a. A na-esite n’edemede amụta ihe mmadụ na-amaghị mbụ.

Edemede kasị mkpa n’ule Igbo niile.

ch. Ọ bụ ya ka e ji ama onye maara asụsụ ahụ.

**YUNIT 2: EDEMEDE NKỌWASỊ: USORO NA NHAZI YA**

**AZỊZA**

**IHE OMUME 1:**

Eedemede nkọwasị bu udi edemede ndị ahụ na-akwọwasị etui he dị ma ọ bu etu e si eme ihe.

**IHE OMUME II:**

Ọmụmmatụ anọ bụ:

a. Uru Ọkụ Bara (Jube 1986)

b. Otu onye m na- agaghi echefu echefu (Nov. 1992)

ch. Ihe m gaeme ma e mee m onye is ala Naijiria' (June 1988)

d. 'Uru ọ bara mmadụ idebe ebe obibi ya ọcha ' (June 2000)

**AZIZA NNWALE:**

1. Ndị bụ edemede nkowasị bụ:

a. Ndị uwe Ojii

b. ikpa Okuko

2. N'onodụ edemedea, gbaa mbọ dee ya ma wegara ya onye nkuzi gị ka o nyochaa.

3. Ọkpụrụkụ okwu ise ndị kwesịirị imejụpụta ya gụnyere.

   a. Ah ụo ezumezu ahu na ebe ọ dị

   b. Etu e si wuo ya na ndị wuru ya.

   Ch. Etu e si jikwaa ya m-ma gburugburu ya ma ime ulo ahu.

   d. Uru ọ baara ndị obodo anyị

   e. Mmechi

**YUNT 3: EDEMEDE AKỌMAKỌ: USORO NA NHAZI YA.**

**IHE OMUME 1:**

Ihe mere e ji akpọ ụdị edemede edemede akọmakọ bụ na ọ na-akọ otu ihe si wee mee.

**IHE OMUME II**

Isiokwu abụọ ọzọ dabara adaba bụ:

a. Etu e si mee egwuregwu imaaka ụlọ na ụlo, n'ụlọ akwukwọ anyi..

b. Dee maka etu e si gbagbuo ọtụ onye ohi n'ogbe unu na nso nso a

**IHE OMUME III**

Ihe mere e ji etinye edemede akomako nnu na ose bu n'ihi na o bụ iko etu ihe si

wee mee

nkwe onye naagu ya nwere ike o noghi n'ebe ahụ. Mana edemede nkọwasị chọrọ naanị ịkọwa etu uhe dị ma ọ bụ etu e si eme ihe.

**AZỊZA NNWALE:**

1. Edemede akọmakọ bụ ụdị edemede ahụ ndị na-akọ etu iihe siri mee dị ka 'Ọgbaaghara mere n'ụlỌ akwụkwọ, an, an na nso nso-a"

2. Ndịiche di n'etiti ha abụo bụ na edemede nkọwasị na-akwọwa etui he siri wee dị ma ọ bụ etu e si eme ihe; ebe edemede akọmakọ na- ekwu etui he siri mee. Edemed nakọmakọ na-ekwu etui he siri mee. Edemede nkọwasị achọghị egbeokwu, ebe o nwekwaranụ ike bata n'edemede akọmakọ.

3. Ha abụọ yiri n'ụdị na nhazi ya na asụsu pụru iche na asụsụ nka.

4. Idechaa edemede a, wegara ya onye nkuzi gị ka o nyochsị a ya mara ebe I mere nke a na ebe iriri mpe.

**YUNIT 4: EDEMEDE MKPARỊTA ỤKA (KPARỊTAỤKA N'ETITI ONYE ỌRỊ NA DỌKỊTA)**

**AZỊZA: IHE OMUME:**

1. Edemede mkparịtaụka bụ okwu mmadụ abụọ abụọ ma ọ bụ karịa na-agwarịta onwe ha n'ụdị otu onyekwuo, onye ọzọ asaa. Ọ bụ ihe onye kwuru ka a na-ede, a ngaghị etinye ma ọ bụ wepụ ihe ọ bụla.

2. Depụta edemede enyere gị, isiokwu ya, ma na nye onye nkuzi gị ka o leru anya.

**AZỊZA NNWALE:**

i. Nọọsụ bụ okwu mbite nke pụtara onye ọrụ ahuike a zụrụ nke ọma inyere dọkịta aka.

ii. Wodụmeedị bụ okwu mbite pụtara onye na-arụ ụmụ obere ọrụ n'ụlọ ahụ ike dị ka isi mmiri ọkụ na idebe ụlọahụ ike ọcha.

iii. Ụtazị bụ akwụkwọ nri na –elu ilu ma na-emekwa ka ọnụ gbachaa mmadụ.

iv. Isa anya mmiri pụtara mmadụ iji nwayọọ were uche chọọ ihe. Ọ bụ akpaalaokwu.

v. Awayị bụ ji a na-esi maka ịnụ mmiri ọkụ ya. O bu nri a naesiri onye ọrịa ma ọ bụ nwaanyị muru nwa ọhụrụ.

2. N'edemede mkparịtaụka, mmadu abụọ ma ọ bụ karịa a na-agwarịta onwe ha okwu n'ụdị otu onye kwụo, onye ọzọ asaa. A na-ede ihe onye ọ bụla ekwere etu e siri kwuo ya. Ọ dịgh etu a na nkenụụdị edemede ndị ozọ.

3. Dee edemede enyere gi isiokwu ya, ma nye yaonye nkuzi gị ka ọ keruo ya anya.

**Yunit 5: EDEMEDE LETA; NKENUUDI EDEMEDE LETA.**

**AZỊZA: IHE OMUME:**

1(i) Ndịiche di n'etiti edemede leta nkeonye na leta anamachọihe bụ na leta anamachọihe na-anabata isiokwu, ma ọ dịghị etu a na leta nkeonye .

(ii) Na leta nkeonye, ode ma-etu onye ọ na edegara lea aha dị/ka ọkwa ya ụlọ ọrụ siri dị.

(iii) A na-edepụta adresi onye a an –edegara leta. Na leta anamachoihe anaghi anabata ogologo akụko, ma leta nkeonye na-anabata nke a.

(iv) Ozọ kwa, na mmechi leta anamachoihe, ode na-edepụta aha ya n'uju ma bia nyekwa aha ya. ọ naghỊ adỊ etu a na leta nkeonye.

2(a) ọrụ leta nkeonye: E ji ya ajụrịta ase.

(b) Eji ya ekele onye mere mmadụ ibe ya amara

(C) E ji ya ezirịta ozi

(d) ọru kacha mkpa ọ na-arụ bụ na ọ na-akwalite mmerkọrịta mmadụ na ihe ya.

**ỌRỤ LETA ANAMACHỌIHE**

E ji nkea achọ ihe dị iche iche dỊ ka ỌrỤ na ịchọ ọnọdụ, n' ụlọkwụkwọ

**AZIZA NNWALE:**

1. Depụta usoro nhazi leta nkeonye ma nye onye nkuzi gị ka ọ tulee. Lee anya n'ọmụmaatụ e enyere nay unit a.

2. Depụtakwa usoro nhazi leta anamachọihe ma nyekwa onye nkuzi gị la ọ tụlee. Lee anya n'ọmụmaatụ e nyere nay unit a.

**YUNIT 6: NCHỊKỌTA**

**AZIZA: IHE OMUME 1:**

1. Edemede bụ ihe mmadụ chepụtara na dee ya ka onye ọ bụla ọ masịrị guọ. A na ahazi ya n'usoro o kwesịrị ma werekwa asụsụ nke a chọọ yam ma.

2. Ndị a bụ nkenụụdị edemede
   i. Edemede nkọwasị
   ii. Edemede arụmarụụka

iii. Edemede mkparịtaụta
iv. Edemede akọmakọ
v. Edemede leta.

3. Usoro atọ dị oke mkpa n'usoro nhazi edemede bụ ndị a
   a. Mmalite
   b. Obi edemede
   ch. Mmechi.

**AZỊZA: IHE OMUME II:**

1. Nkenuudi leta abuo e nwere bu
   (i) Leta nkeonye
   (ii) Leta anamachoihe
2. Ihe ano di mkpa n'usoro nhazi leta nkwonye bu ndia
   a. Adresi ode
   b. Otutu aha onye a na edere leta
   c. Obi letas

**AZIZA NNWALE:**

1. Usoro nhazi leta anamachoihe
   i. Adresi ode
   ii. Adresi onye a naedegara leta
   iii. Aresi onye a naedegara leta
   vi. Obi leta
   vi. Nkowa ode na aha ya
2. Dee leta e nyere gi isiokwu ya ma meekwa ka onye nkuzi gị lba anya.
3. Nke a bụ usoro a ga-esi hazie edemede isiokwu ya bụ etu Ị siri nọọ ezumike gara aga.

Etu m siri Nọọ Ezimike Gara aga

**MMALITE:**

ỤLọakwukwọ ebe m na aga akwụkwọ na oge anyị mechri maka ezumike

**OBI EDEMEDE:**

i. Ebe m nọọ oge ezumike, etu m siri nje mgbem na aga ebe ahụ
ii. Ebe nleta m jegara n' obodo ahụ.
iii. Etu m siri nyere ndị m gara na nke ha aka
iv. Etu m siri laghachi na ngwụcha ezumike

**MMECHI**

Nchịkọta edemede.

# AZỊZA MODUUL NKE ITOOLU

## YUNIT1: NKỌWA IHE OMENAALA PỤTARA, MYIRI NA AZỊZA MAKA IHE OMUME NA NNWALE

**IHE OMUME:1**

i. (a). Ilu nwaanyi

(b). Iche ozo

(c). Iri ji ohuu

ii. Ndi Igbo kwenyere na a na – esite n’ arusi agwa chukwu Abiama Okwu

**IHE OMUME II:**

i. (a). O zuru Igbo niile onu

(b). O na – eziputa nkwenye na ofufe ndi Igbo

(ch).O na – eziputa echiche na nghota ndi Igbo gbasara uwa gbara ha gburugburu.

ii. (a). Ndi a na – ahu anya

(b). Ndi a naghi ahu anya

**NNWALE:**

i. Omenala pụtara usoro obibi ndụ ndi mmadu bikọtara ọnụ n’ otu ebe na n’ ime otu oge.

ii. (a). Ilu nwaanyi
(b). Ichị ọzọ

iii. Gosi onye nkuzi azịza gị maka ajụjụ nnwale a n’ ebe unu na – amụ ihe

iii. mee ka onye nkuzi gi ihe i kwuru maka nke n’ ebe unu na – amụ ihe

## YUNIT 2: NKỌWA EWUMEWU, MYIRI NA NJIRIMARA YA.

AZỊZA MAKA IHE OMUME NA NNWALE

**IHE OMUME I:**

ii. Ewumewu pụtara mmemme ndi di n’ obodo ọ bụla kamgbe ọkpụ nke nwere usoro a na-agbaso na iwu na-echekwa ya.

iii. (a) Ụmụnna
(b) Ụmụọkpụ

**IHE OMUME II:**

i. Ewumewu ndi Igbo abụọ ebe e nwere myriri bụ
(a) Azụmahia –ndi Igbo niile na-azu ahia

(b) Umunna – ndi Igbo niile na-eziputa mmetuta site n' obara di ka ndi si n' otu nnukwu nna puta

ii. (a) Ọ na-esi n' omenala apụta.

(b) Ọ na-eziputa usoro mmekọrịta ndị Igbo.

**NNWALE:**

i. Ewumewu bụ ihe di iche iche obodo ọ bụla wuwere kamgbe ọkpụ nke nwere usoro a na-agbaso na iwu na echekwa ya. Otu n' ime ewumewu ndi Igbo ụmụọkpụ

ii. Ewumewu abụọ di n' obodo m bụ

(a). Ụmụnna

(b). Azụmahịa

GOSI ONYE NKUZI GI NKE A N' ỌMỤMỤ IHE ỤNỤ,

iii. Gosi onye nkuzi gi nke n' obodo m bụ

iv. Gosikwa onye nkuzi gi nke a n' ebe unu na-amu ihe.

**YUNIT 3: NKỌWA NKEUUDI OMENALA IWA OJINA URU ỌJỊ BARA**

**AZIZA MAKA IHE OMUME NA NNWALE**

**IHE OMUME II:**

i. (a). Mkpụrụ añara

(b). Acịcha bekee.

(c). Oroma

ii. Gosi onye nkuzi gi aziza gi n' ebe unu na-amu ihe

**IHE OMUME III:**

i. (a). Okenye gọchaa ọfọ ọjị, nwata awaa ma kee ya.

(b). Okenye gọchaa

ii. (a). E ji ọjị ele ọbịa

(b). E ji agba ndụ

(ch). E ji ya edozi esemokwu

**NNWALE:**

i. (a). E ji ọjị ele ọbịa

(b). E ji ọjị amalite mmemme ọ bụla n' ala Igbo, ma ọ bụ ihe ọma ọ bụ ọdachi

(ch). E ji ọjị alụ nwaanyi

ii. (a). Unere.

(b). Akụ ilu (ch). Mmimi

iii. Gosi onye nkuzi gi aziza nke a n' ebe unua na-amu ihe.

v. Mee ka onye nkuzi gi hụ uzo n' ebe unu – amu ihe

**YUNIT 4: ỊKỌWA IHE ỊLỤ NWAANYI BỤ NA USORO E SI ALỤ YA N' ALA IGBO**

**IHE OMUME 1:**

i. Ilu nwaanyi bu ijikọta nwoke na nwaanyi site na nkwekọrịta ha onwe ha na nke nne na nna ha, ka ha biri n' otu ụlọ dị ka di na nwunye wee malite ezi na ụlọ nka ha.

ii. N' ala Igbo, otu ihe putakarichara ihe kpatara e ji alu nwaanyi bu ka e wee mụta nwa.

iii. Nna kwesiri ịdụ nwa ya nwoke lụrụ nwaanyị ọhụụ ụlọ site n' ikenye ya oke nke ya n' ihe ya (nna ya ahu).

**IHE OMUME II:**

i. (a). ji

(b). anu

(c). mmanya.

ii. (a). ite

(b). akwa ndina (Bed)

(c). efere

(d). akwa (Cloth).

iii. (a). Ka a ga – esi buo mmanya

(b). Egbo ole ga – akwu n'isi nwaanyi (ego aku nwaanyi)

**NNWALE:**

i. A na-esiti na ya amụta nwa

ii. Ka e wee ike matachaa ihe ndi di mkpa gbasara mmadu abụọ ahụ chọrọ ịlụ onwe ha

iii. Gosi onye nkuzi gi aziza nke a n' ebu ebe unu na-amụ ihe.

**YUNIT 5: IRI JI QHUU NA IGBA NDU**

**IHE OMUME I:**

i. ha ji akwanyere ji, chukwu na ala na – eme nri ugwu na nsọpụrụ di iche
ii. Ọ dị mkpa maka ọ bụrụ na e meghi ya ihe ọ pụtara bụ na ndi Igbo enweghi ugwu maka nna ha na ihe na-emere ha ihe.
iii. Gosi onye nkuzi gi nke a n' ebe unu na-amụ ihe.

**IHE OMUME II;**

i. Ọ dị mgba ndu ka ujo wee laa
ii. (a) Ndi na - acho ịlụ di na nwunye
(b) Ndi na - azọ ala
(c) Ndi na - es okwu

**IHE OMUME II:**

Gosi onye nkuzi gi nke a n' ebe unu na-amu ihe

NNWALE:

i. Gosi onye nkuzi gi nke a n' ebe ụnụ na-amụ ihe
ii. Gosi onye nkuzi gi nke a n' ebe ụnụ na-amụ ihe
iii. Gosi onye nkuzi gi nke a n' ebe ụnụ na-amụ ihe
iv. Gosi onye nkuzi gi nke a n' ebe ụnụ na-amụ ihe

**YUNIT 6: OTU ỌGBỌ NA ỊGBA MMỌNWỤ AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

a. Nke ihe Omume:

i. Ewezuga Ọgbị Ọna Ebiri, ọ dikwa ndi na-akpo otu Ọgbọ Uke na Ụlọ?

b. Nke Nnkwale:

i. Otu ọgbọ bu otu ndị a mụrụ n' otu oge (n' obodo) ma ọ bụ agbata

oge Obodo ọ bula kwekọrịtara maka iji kpebi ihe nke a kwesịrị ịbụ

i (a) Otu Ọgbo na-aruru Obodo oru. (b) Otu Ọgbọ na-enye aka n' ichekwawa Obodo.

(ch) Otu Obodo na-enye aka iruzi uzo na idewe ọbọdọ ocha.

iii Ihe a na-akpọ onye na-amaghi mmonwu bu Ogbodu.

iv E wezuga Obom, ihe ozo e nwere ike ikpo ebe a na-agba mmọnwu bụ Ama, Mbara, I ro dgz.

v. Ihe a na-akpị ndị na-eso mmọnwụ bụ Umuụnkwụ

vi. Uru atọ mmọnwu bara bụ ndị a.

(a) Mmọnwụ na-enye aka n' ichekwawa Obodi.

(b) Mmọnwụ na-enye aka ịhụ na a na-asọpụrụ iwu Obodo

(ch) E ji ya emejupụta mmemme dị iche iche a na eme n' obodo dị ka n' oge oriri.

**AZIZA MODUUL NKE IRI**

**YUNIT I: NKỌWA TENSI NA ỤDỊ TENSỊ E NWEGASỊRỊ:**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

**IHE OMUME I**: (a) Ọkwụkwa okeokpa na ọnọdụ anyanwụ.

(b) N' ebe m kwu mgbe ahụ.

(c) Tensi bụ ihe nwere ihe ịtụdo aka merenu.

(d) Oge bụ mgbe ihe jiri mee.

**IHE OMUME II:**

a E nwere ụdị tensi ano-tensi ndịnaazụ, tensị ngaradị na tensị ndịniihụ.

b Ngwaa kọpụla bụ otu ụdị ngwandị. Ọ bụ otu ngalaba n' ime ngwandị.

ch. Iheachọ chiri ntị.

d. Ọ bụ tensị eji egosị ihe mere eme n' oge gara aga ma ọ ka dịkwa ire ugbu a.

A na-etinye 'la' dị ka nsonaazu ngwaa iji gosịpụta ndịugbu a mechss.

**NNWALE YUNIT I:**

a. (i & ii) Dee ihe ị hụrụ dị ka i si hụ ya.

b. Ọ bụ tensi ndịnaazụ n' ihi ọ na-egosịhe mezurula.

ch (i) Ihe Nwaọruakụ na-ekwu gbasara m"

(ii) "Ọfọdiile tụrụ anya Nwamgbọ ya n' efu.

d. E ji ya ezipụta ihe na-eme mghe ọ na-eme.

**YUNIT 2: TENSỊ NDỊNIICHU NA TENSỊ NDỊNAAZU: NKWE NA NJỤ HA.**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNKWALE:**

**IHE OMUME I:**

1. ch = Nkoma ga-echu mmiri.

2. i = Eze agaghị egbu akwụ.
   ii = Ọ gaghị aga ahịa.

3. ch =Ha ga-anọ n' ụlọ.

**IHE OMUME II:**

1. b=Ha bịara be m.
2. i = Uju erighị akpụ.
   ii = Ejeghị m ahịa.

3. (b) Ọtaghị azụ. (d) Ọ gaghi abịa.

**NNWALE:**

1. 'ghi"
2. i. Ha agaghị abịa taa.
   ii. Ijeọma agaghị agba egwu.
   iii Ada agaghị ekwu okwu.
3. 'd'=Ọ gaghị abịa.

**YUNIT 3: TENSỊ NGAARADỊ: NKWE NA NJỤ:**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

**IHEOMUME:**

a Akpọrọ ya ngaaradị, Ọ bụrụ ngaaradi n' ezie n' ihi na o mechara omezighị

b Ohaekee ngaara echi ọzọ ma a sị na o ji ego."

Ch "Chinelo agaraghị izu ohi ma a sin a o jighi ego."

**NNWALE:**

Onye nkuzi –eleba anya n' ọtụtụ ihe iji maatụ ndị a wee kwuo ndị e

Deziri ndị edezịghị.

**YUNIT 4: NCHIKOTA:**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

a. Aspekịtị bụ katịgọrị ngwaa na-akọwa maka ogologo oge dị mkpa.
b. Ha abụọ na-ekwu maka oge. Tensị na-ekwu maka otu ogeebe aspekịtị. Na –ekwu maka oglgog oge.
ch. Anyị nwere aspekịtị mmecha, aspekịtị ngawanye na aspekiti mmaahụ.

d. Nnabude na-akwọ ugbọala.

**NNWALE:**

Ọ na-ekwukarị maka ihe na-eme ugboro ugboro.

Ọ na-ekwu maka ihe a na-eme mgbe a na-eme mgbe a na-eme ya.

Nneka azaala ụlọ.

**YUNIT 6: ASPEKỊRỊ NGAWANYE:**

AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:

**IHE OMUME I:**

i. na-
ii. na-agụ.
iii. na-ata.
iv. na-ata.
v. Na-esi/na-aracha

**IHE OMUME II:**

a. Anwụ anaghị amụ
b. Ọkụ anaghị enwụ n' ụlọ.
ch. Uche anaghị arịa ọrịa

d. Anyị anaghị agba bọlụ.

e. Nwata ahụ anaghị ata anụ.

**NNWALE I:**

1a a.

2. ch

3. a.

4. a.

5. a.

**NNWALE II:**

1. Ogu na-agụ ihe ọgụgụ.
2. Anyị na-ede ihe odide.
3. Nkịta na-ata azụ dịn a ngịga.
4. Ha na-arụ ọrụ.

**NNWALE III:**

1. Obi anaghị ese ihe.
2. Nne m agaghị esi ofe
3. Ogu na-amụ mma n’ okwute.
4. Nkịita anaghị ara ofe m.

a. Wegara onye nkuzi gị ka o lebara gị ya anya.

**YUNIT 10: NCHỊKỌỌTA YUNIT 1-10**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

1. aspekịtị mmaahụ-Ihe omume I
2. aspekịtị ndịmecha.
3. aspekịtị mmaahụ
4. aspekịtị ngawanye
5. aspekịtị ndịmecha
6. aspekịtị ngawaye
7. aspekịtị mmaahụ

**AZIZA MODUUL NKE IRI NA OTU**

**YUNIT 1: IHE ASỤSỤ PỤTARA NA NJIRIMARA YA**

**AZỊZA IHE OMUME (1)**

1. Asụsụ bụ okwu e n’kwuru n’ọnụ ma ọ bụ e deturu edetu nke nwere nghọta.
2. Ihe ndi a abughị asụsụ
   i. ụkwara
   ii. ughere
   iii. uzere
   iv. akwa
2. d

**AZỊZA IHE OMUME (2)**

1. d
2. d
1. Ụzo dị iche iche si ezirịta ozi site na mmagharị ahụ bụ ndị a:
   i. Ife aka
   ii. Ikwe n’isi
   iii. ịle anya
   iv. ịdụ n’ubu
2. d
3. ch

4. Ihe niile anyị na-anụ abụghị asụsụ n'ihi na ihe dị ka: akwa, ụkwara na uzere anyị na-anụ abụghị asụsụ.

**YUNIT 2: ỌRỤ ASỤSỤ**

**AZỊZA IHE OMUME**

1. a
2. ch
3. d

**AZỊZA NNWALE**

1. Asụsụ na-arụ ọrụ ndị a:
   - -Mmekọrịta
   - -Ezimozi
   - -Mgbasa ozi
   - -Azụmahịa
   - -Ọchịchị
   - -Omenala
   - -Idị n'otu
   - -Ide akwụkwọ
2. Aha ụlọ ọrụ abụọ ji asụsụ arụ ọrụ bụ ndị a:
   - i. Ụlọ ọrụ televishọn
   - ii. Ụlọ ọrụ redio

3 a

4 ch

**AZIZA MODUUL NKE IRI NA ABUO**

**YUNIT 1: NKỌWA ATỤMATỤỤ OKWU NA NKENỤỤDỊ YA:**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:**

**A IHE OMUME:**

i. Bịambịamgbochi, Egbeokwu, Enyookwu, na Mmemmadụ kọwa Mmemmadụ: Mmemmadụ bụ ine ihe na-abụghị mmadụ ọnọdụ dị ka ọ bụ mmadụ ma na akpakwa agwa ka mmadụ. Ọmụmaatụ: Elugwe na-akwa akwa ( Mmiri na-ezo)

ii Nke onye metara, o were isi ua buru.

**B. NNWALE:**

i. Ọ na-enye aka ịchọ oku mma

ii. a. ……. Mmiri: Ihu nwata ah dị ka nke enwe

b. Mbụrụ: Nwoke ahụ bụ mbe

ch. Okporo ụzọ ahu dị larii.

iii. a. Atụmatụ Okwu: Nsinụda na ajụjụ Nzaraonwe

b. Atụmatụ Agụmagụ: Ilu na asịnịlu

iv. Ajụjụ Nzaraonwe bụ ajụjụ ndị zara onwe ha, na-achozighi aziza ọ bụla.

v Ọ bghi uru ị na-amaja anyị/eyi anyịs egwu.

**YUNIT 2: NKỌWA AKPAALAOKWU NA ỌMỤMAATỤ HA.**

**AZIZA IHE OMUME NA NNWALE.**

**IHE OMUMU;**

Eke otiti' Akwụ icha n'ọdụ ịgụ;

Aka Ikpara mmadụ; ịnyụ nsị n'ụlọ ụkọ

(i) Eke tiri nwoke ahụ (Nsogbu dakwasara nwoke ahụ)

(ii) Akwu achaala n'ọdụ ịgụ (Ihe na-adịghị mbụ eme emeela)

(iii) Aka akparala onye ohi ahụ (E jidela onye ohi ahụ)

(iv) Obi nyuru nsi n'ụlọ ụka taa (Obi mere ihe na-adịghị mma omume/ihe ọjọọ taa)

**NNWALE:**

(i) Akpalaaokwu bụ atụmatụ okwu e ji ekwu iji wee kọwapụta n'uzo mmiri

Emi ihe a na-ekwu maka ya.

(ii) Ụzọ uru abụọ akpaalaokwu bara n'asụsụ bụ na ọ na-onye aka ime ka asụsụ kaa akaa ma nwee ugwu. Nke abụọ bụ na o na-eme ka e chemei echiche ime wee ghọta asụsụ ahụ.

(iii) Ihe a jụrụ anyị siri ike na nghọta.

(iv) Ada bitụrụ mma aka.

**YUNIT 3: IKỌWAPỤTA IHE BỊAMBỊAMGBOCHI, EGBEOKWU NA NHAGIDEOKWU PỤTARA NA ỌMỤMAATỤ NKE Ọ BỤ LA N'IME HA.**

**AZIZA IHE OMUME NA NNWALE:**

**IHE OMUME.**

i. Ọ waara mma obe jiri ya wara onwe ya site n'ọgbọ wara ọsọ wagharịa ebe niile (Bịambịamgbochi)

ii Ọnụgbụ na-elu ilu ma na ọ na-atọ ụtọ n'ofe (Nhagideokwu).

iii. Mmadụ bụ aja dị n'ala (Egbeokwu).

**NNWALE:**

i. Bịambịamgbochi bụ atụmatụ okwu nke usoro ụda na-ezịputa bụ nke sitere na nwebata otu ụdị mgbochiume ọtụtụ mgbe na mmalite ọtụtụ mkpụrụokwu dị n'otu ahịrịokwu.

ii. Egbeokwu bụ atụmatụ okwu na-eme ka a hụ ihe karịa ma ọ bụ pekarịa ka ihe ahụ ha n'ezie.

iii. Nhagideokwu bụ atụmatụ okwu na-achịkọta echiche abụọ megidere onwe ha ọnụ iji wee kowapụta ihe na -ekwu.

iv Anya mmiri si ya n'anya dọọrọ ka iyi (Egbeokwu ); Anụ na-agban agba ma mmanụ ya na-atọ ụtọ (Ngideok wu).

v. Otu uru bịambịamgbochi bara n'asụsụ Igbo bụ na ọ na-eme ka ihe a na-ekwu nwee ụda ma dị ụtọ n ntị.

**YUNIT 4: IKỌWAPỤTA IHE IGBUDUOKWU, MBỤRỤ NA MIRI PỤTARA NA INYE ỌMỤMAATỤ NKE Ọ BỤLA N'IME HA.**

**AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE.**

**NNWALE:**

i. Igbuduokwu bụ atụmatụ okwu nke na-esite n'iburu otu ihe n'uche ma na-ekwu ihe ọzọ wee mee ka ofeke ghotahie ihe a na-ekwu.

ii. Mbụrụ bụ atụmatụ okwu nke na-esite n'ịsị na otu ihe bu ihe dị otu a wee na-ama atụ ka ihe ahụ ọ na-ekwu maka ya dị.

iii. Myiri bụ atụmatụ okwu nke na-esite n'ịsị na otu ihe dị ka nke ọzọ wee na-amaatụ iji ziputa ihe o na-ekwu maka yari.

Iv Ndịiche dị n'etiti Mbụrụ na Myiri bu na ebe Mbụrụ na-asi na ihe 'bu' myiri na' asị na ihe 'di kas'.

v. Atụmatụ okwu ndị a na-enye aka ime ime ka asusụ Igbo mie emie nwee ugwu maa mma.

**A. AZỊZA IHE OMUME:**

i Otu omumaatụ Igbuduokwu bụ:
Nne gị gwa gị okwu,ọ masị gị kparịwa ya.

Nkọwa  Nne gị gwa gị okwu, gbaa mbọ kweere ya.

ii. Otu ọmụmaatụ mbụrụ bụ :Ugomma bụ ewu

Nkowa: Ugomma na-eme nzuzu.

## YUNIT 5: IKỌWPỤTA IHE MMEMMADỤ NA ENYOOKWU PUTARA NA INYE ỌMỤMAATỤ HA.

### AZỊZA IHE OMUME NA NNWALE:

### AZỊZA IHE OMUME:

i. a. Ọnwụ, olee ebe i bi? (Ọmụmaatụ Mmemmadụ).

b Obi bụ onwa Na-etiti oha ndị ala ya (Omumaatu Enyookwu).

ii. Nkọwa Ọmụmaatụ

(a):Anyi matara na ọnwụ abụghị mmadụ, ma e nyere onwụ ọnọdụ mmadụ ebe site n'ijụ ya ajụjụ ka a na-ahụ ya

Anya ka mmadụ nakwa ijụ ya ebe o bi dị ka ọ bụ mmadụ na-ebi n'ụlọ. Ihe ọ pụtara bụ a ọ dighị onye matara  ebe ọ ga-ahụ ọnwụ.

iii. Nkọwa ọmụmaatụ (b):

N'ebe a, jiri onwa na etu ọnwa si etiri mmadụ dum, ma onye ukwu ma onye nta, wee mere enyo nke a ga-esite

Na yawee hụ ka Obi siri buru onye nchukwu nye ndị ala ya. Ihe ọ pụtara bụ a Obi na-enyere onye ukwu na onye nta aka n'ala ya ma na-egbokwara ha mkpa ha dum.

### AZỊZA NNWALE:

i. Mmmemmadụ bụ inye ihe na-abụghị mmadụ ikike ikpa agwa ka mmadụ.

ii. Enyookwu bụ ijiri otu ihe wee mere enyo nke a na-esit na ya wee na-achụcha ihe ahụ nke oma.

iii. Ọrụ atụmatụ ukwu ndị a na-arụ n'asụsụ Igbo bụ na ha na-eme ka asụsụ Igbo kaa akaa, dị ebube ma maa mma.

iv. Otu ndiiche dị n'atụmatụ okwu abụọ ndị a bụ na ebe mmemmadụ na-arụ orụ site n'inye ihe abụghị mmadụ ikike ikpa agwa ka mmadụ, Enyookwu na-aru site n'ijiri otu ihe mere enyo nke e ji amata ka ihe ọzọ dị.

v. Otu myiri dị n'ụzọ ihe abụọ ndị a bụ na ha abuo na-arụ otu ụdị ọrụ n'asụsụ-ime ka asụsụ kaa akaa, dị ebube ma maa mma.

## YUNIT 6: IHE NKWUMA, NKWUSARA, UCHEỤDA NA ỤDAỤDA PỤTARA NA INYE ỌMỤMAATỤ HA.

### IHE OMUME I:

1. Okeke ajụla nri
2. O bulaala akwụkwọ
3. Akịdị ya anaghị epu ome.

**IHE OMUME II:**

1. Ụlọakwụkwọ anyị, biko agbagbakwala m aka.
2. Ule TC II, emere m gi gini?
3. Okporo ụzọ a, gịnị ka m mere gị?
4. Eke ozii, nyenụ m ego ka m bụrụ ọgaranya ka ibe m.

**IHE OMUME III:**

1 O toro ma dị gịrịgịrị
2. Ọ na-abọ i jide ya, ọ na-eme fịrịirị.
3. Emetụrụ m ya aka ka m tinye 'ọnụ, ọ dị kọtọkọtọ n'aka.
4. Ọkụ gbara ụlọ ahụ pịatapịata.

**IHE OMUME IV:**

1. Mgbe m nụrụ kpawaram kpawaram, amaara m na ọ bụ ụda egbe ya.
2 Ihe na-ada gbogoo gboboo etu ahụ bụ mgbịrịmgba ụlọ aka anyị.
3. Mkponaala dara gwim gwim gwim iji gosi na ha ebulataala ozu.
4. O setịrị aka maa ya aka ntị kigbaaa.

**NNWALE:**

1. Nkwuma bụ atụmatụ okwu ndị Igbo ji ekwu mgbe ha chọrọ iji ịsọ anya ma ọ bụ ụzo nka wee gwaonye ọ dị n'ahụ okwu.
    1. Ihe e ji mara nkwusara bụ na ọ na-agwa ihe ma ọ bụ onye a naghị ahụ anya okwu.
    2. Ọ bualaala a akwụkwọ (Nkwuma). Ndị mbụ na ndị egede ihekere mmadụ, nara mu ọjị taa (Nkwusara)
    3. Ucheụda bụ ụda dị n'uche a naghị anụ ya n antị, dị ka ''Agwọ gara fịam gapu n'ụzọ ugbu a''. Udaụada bụ ndị a na-anụ ntị ma hukwa ihe mere ya bụ ụda. Dị ka: Anụrụ m patapatapata wee mara na afọ aswala ya.

**YUNIT 7: IHE AGHỌTAAZAA PỤTARA NA IHE NDỊ MKPA N'AGHỌTAAZAA:**

**IHE OMUME.**

1 a. Atụmatụ okwu a bụ udaụda
  b. Atụmatụ okwu a bụ udaụda
2. Ndị nọ n'ụgboala ahụ dị mmadụ ise.
3. Iwe ọkọ akụkọ mgbe ọ na-aba mba bụ
  a. Kọndọkụto ekweghị ka ọ nọdụ ọdụ tupu ọ nawa ya ego.
  b. Nwoke nke nọ a'akụkọ ya tinyere ọnụ kwadoo kọndọkụtọ ka ọ nara ya nari
  naira.
4 Echiche ọkọ akụkọ mgbe o sin a ọ bụghịkwa ndị ya ghotara na ndi ya na ha so zuo ụgbọala abụghị ndị ya na ha na-aga njem.

**NNWALE:**

1 Ka onye kọrọ akụkọ si ru ebe ọ bara ụgbọ na-aga Owere bụ na ọ fetụrụ tagzị nke bugara ya be ahụ.

2 Ọ bụ naanị ọkọ akụkọ na-aga njem n'ụgboala ahụ.

3. Ọkọ akụkọ baara mmadụ a bụọ mba. Ha bụ

a. kọndọkụtọ

b. Nwoke nke nọ n'akụkọ ya.

4. Ọ bụ maka na ọ naghị aga njem. Ọ dowere ya ka ndi njem chee na mmadụ adịla ọtụtụ n'ugbuoala ahụ.

5. a. Agwọ nọ n'akịrịka pụtara na nsogbo dị. Ọ pụtakwara na ụbọchị adịghị mma, na ọ bụghị ihe a tụrụ anya ya ka a na-ahụ.

b ''Ọ bughịkwa ndị mụ na ha so jee ọgụ ka mu na so alụ ọgụ''

Ihe ilụ pụtara bụ na ya na ndị ya na ha so malite ihe a hughịzi otu. Nke a pụtara na ya ha esoghịzi otu ụzọ. Ilu ọzọ yiri ya bụ na ndị ya na ha so chụọ nta abụghị ndị ya na ha kere anụ.

## YUNIT 8: IHE MGBAKWASA UKWU MAKA AGHOTAAZAA NA IGU IHE A MAPỤTARA MAKA AGHỌTAAZAA NA IZA AJỤJỤ SI NA YA.

**IHE OMUME I:**

1. (ch) Obiakọ na-ezu ohi

2. (d) Ndi obodo kpọrọ ya asi

''Ihe nwere uru nwere ọghọm '' Nke a bụ eziokwu na ndụ n'ịhị na Obiakọ bụ onye eziokwu ma bụrụkwa onye umengwu.

4. Agwa Obiako kacha puta ihe n'akuko a bu agwa eziokwu.

5. a. Ngana kpuo ute, aguu ekpughee ya. Nke a putara na aguu guo onye ike adighi, o gbalia chọọ ihe o ga-eri. Nke ozo bu na ihe mkpa biakwute onye amaghi eme, o mee ya n'ike.

 b. Aka aja na-ebute onu mmanu mmanu. Nke ozo bu na onye agbaghii mbo anaghi enweta ihe o na-acho.

**IHE OMUME II:**

1. Uru a na-enweta maka ime aghọtaazaa bụ
   a. Ọ na-akuziri anya ka e si agu ihe osiiso
   b. Ọ na-eme ka uburu anyi na-aghota ihe osiiso.

2. Ụzo ihe ato m ga-agbakwasa ukwu ma na-eme aghotaazaa bu
   a. Aga m agu ya ihe ruru ugboro ato tupu m malite zawa ajuju.
   b. Asi m kowaa ilu ma o bu akpaalaokwu, aga m eji nkowa nkiti kowa ha.

**NNWALE:**

a. Ihe kpatara aturu choro iburu uzo juo umu ya ajuju banyere aririo agu rioro ya bu ka o mata onye nwere ezigbo uche iji gbanahu ihe ojoo agu choro ime ya na umu ya.

b. Aturu hoputara Ebule Ako, n'ihi na o ghotara na o bu naani ya bu nwa ya nwere ezigbo ako na uche o ga-eji ghogbu Ako.

ch. Agu mere iji huba nwa nke ya ama n'abali bu igbu nwa ya nzu n'ihu ma were uchie gbuo Ebule Ako n'ihu.

d. Ihe Agu mere n'abali ahu mgbe o biliri n'ura bu na o gara gbuo nwa ya amghi na o bughi Ebule Ako.

**YUNIT 9: ỊGỤ EDEREDE A HỌPỤTARA NA ỊZA AJỤJỤ SITERE NA YA**

**IHE OMUME** ;

1. Ihe ụkọchukwu tụrụ anya ya ụbọchị a ga-emeghere ha Ulọ ụka ahụ bụ
   a. ga-eme mmiri chukwu
   b. ha ga-acho ihe oriri na mmanya

2. Ụbọchị e mepere ụlọ ụka ahụ bụ izu asatọ ma ọ bụ izu ụka anọ

3. Ọ dịghị otu onye wetara mmanya ọ bụ ha dum maka na ha dum bụ diochi.

4. Etu ha si wetachaa oche zuru mmadu niile inọ ala bu na zọrọ aja Wee si na ya mepụta oche nọdụ ala iri n ime ụlọ ụka ahụ.

5. Ụzọ ọrụ atọ pụtara ihe a rụrụ maka mmepe ụlọ ụka ahụ bụ
   a. Ụfọdụ churu mmiri
   b. ụfọdu zọrọ aja
   c. ụfodụ bụrụ ihe obubu

**NNWALE:**

**EDEREDE A:**

1. Onye na-enye ndumọdụ n abụ abụ onye nkuzi ụka
2. ndị ọ na-agwa bụ ndị ụka ma ọ bụ ndị na-eso ya
3. ụzọ ihe anọ ndị a na-ekwu maka ya mere a ndi amụma bụ
   a. Ha tara ndị amụma ụta
   b. Ha ghuru ndị amụma
   c. Ha kwuru ajọ ihe banyere ndị amụma

4. Ụzọ ihe anọ ha ag-eme wee bụrụ ndịkom bụ
   a. Ha ga-eguzosị ike n okwukwe ha
   b. Ha ga-egosị ịdị ike
   c. Ha ga-ejisi ike
   d. Ha agaghị asụ ngnọngọ

5. Ebe aga-ahụ ndụmọdu niile a e nyere n abu a bụ n akwụkọ oziọma

**EDEREDE B;**

1. Ihe butere ọnwụ nna pịta bụ na nyere mmadụ ya nsi ụbọchị e mere
   Emume igbaghe ulo wuuru ya
2. Ọnwụ nna pịta emetụtaghị okwukwe ya o nweghi mgbe pịta ji laa
   Azụ n agwa ya igosị ụmụ mmadụ na mmadụ niile bu otu o nweghịkwa
   ọlịla azụ n ebe ife chineke dị ma n ebe ọ bị ma n ebe ọzọ

3. Ihe okwu ahụ pụtara bụ na ihe mere nna pịta oji nwụọ emeghị ka pịta
   Gbanwoo omume ya n ebe mmadụ ibe ya nọ

4. a. 1935
   b. 1937
5. ka e wusịịrị nna pịta ụlọ o biri naanị afọ abụọ wee nwụọ

**YUNIT 10. NCHỊKỌTA**

**IHE OMUME 1;**

1. Atumatu okwu bụ nka okwu ma ọ bụ nka edemede ndị lgbo ji ekwu
   Okwu m ọ bụ ede edemede iji mee ka ihe e dere tọọ ụtọ ma maa mma

2. Atụmatu okwu ise ma mara bụ
   a. egeokwu
   b. mbụrụ
   c. myiri
   d. mmemmadu
   e. ụdaụda

3. Ahiriokwu ọmụmaatụ maka abụọ
   a. Ọ bụ agụ (mbụrụ)
   b. Ọ dị ka agụ (myịrị)

4. Ihe dị iche n ucheụda na ụdaụda bụ ụcheụda na –eji uche egosi ụda ya dị ka walawala, ebe ụdaụda na-egosi ụda ya site n ime mkpotu a na-anu na ntị dị ka gbim.

**IHE OMUME II:**

1. Nhịaahu se ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọgụgụ na ịzaajụjụ aghọtaazaa bu.
   i. okwu tara akpu nke ha anaghị ịhe ọ pụtara
   ii. okwu sitere n'oluonye.
   iii. Oge anaghị ezu ịgụcha na ịzacha ajụjụ aghọtaazaa.
2. Ihe ga –eme ka ụmụakwụkwọ na-enwe mmasi nke aka ha n'ime aghotaazaa.
   i. inwe izugbo onye nkụzi maar akuzi ya.
   ii. ụmụakwụkwọ igba mbọ nwee mmasi nke aka ha n'imu e maka ịmụ aghotaatzaa.

iv. ụmụakwụkwọ new akụkwọ dị iche iche aghotaazaa ma jikwara ha na-amu.

iv Ndị isi ulọakwukwọ imapụta ohere zụrụ ezu maka ịmu aghotaazaa.

2. Uru atọ anyị enweta n'ime aghọtaazaa.
   i. ọ na-azụ ụbụrụ akwụkwọ anyị
   ii. ọ na-eme ka anyị mụta ka e si agụ ihe ọsịịsọ
   iii. Anyị na-amụta ihe n'akụkọ dị na ya.

**NNWALE:**

1. Atụmatụ okwu iri m mụrụ maka ya na mọdụụl a bụ.

i. bịambịamgbochi

ii. egbeokwu

iii nhagideokwu

iv. igbuduokwu

v. mbụrụ

vi. myiri

vii. mmemmadụ

vii. enyookwu

Nkwuma

2. Atụmatụ okwu abụọ ndị ọzụ m muru bu

i. ucheụda

**Ahiriokwu ha**

i. O nyere m mmanya ọtọ bịrịbịrị (ucheụda)

ii. Isi ukwa ahụ dara gbim n'ala (ụdaụda)

3. (i) a. etinye aka abuo n'onu n'otu oge (kpalahokwu)

b. a kwụghị otu ebe ekiri mmọnwụ (ilu)

ch ụsụ ruru n'ọjị abụghịkwa nwa ụsụ (ilu)

d. enweela agba (akpaalaokwu)

e. Ọ dịghị ihe a na-achọ achọ na be ya (egbeokwu)

f. Ugbo akpụ ya bụ atụrụ tawa (egbeokwu)

ii. Akụụzo bi n'obodo Abagwu.

iii. Ihe na-enye Akụbụụzọ ego ya bụ ọkụkọ, obọgwụ, ji, akpu, ọka, ose, akịdị, tomato na akwụkwọ nri.

iv. Ihe mere na Akụkụụzọ na-eri naani isi azụ bụ a o kwenyere na ọ na-enye ya ụbụrụ okwụkwọ.